# Ẹkwo Ebvu-ọma

## 1

1 Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ onye ono,
yẹe ndu ẹjo-iphe ta achịdu idzu lanụ;
ọphu ooshiswetajẹdu ụzo ndu iphe-ẹji;
ọphu ọ nọdujedu l'ẹka ndu epfubyishi kẹ Chileke nọ;
2 mbụ onye bụepho iphe,
adụje iya ree bụ ekemu Chipfu;
ọ bụru ekemu Chipfu ono
bẹ ọonoduje arị l'ọriri eswe l'ẹnyashi.
3 Onye ono dụ g'oshi,
e yeru l'agụga nggele;
ọ nọdu amị mebyi l'orwuberu iya;
ọphu ẹkwo iya anwụlwashihujedu anwụlwashihu.
Iphe, bụkpoo iphemiphe,
oome abụjeeru iya phọ ụpete.
4 Obenu l'ọ tọ bụdu ẹgube ono bẹ ọodujeru ndu ẹjo-iphe.

Ẹphebedua dụ g'ẹswa ereshi,
phẹrephere anọduje
ezikashị ezikashị.
5 Ọo ya bụ lẹ ndu ẹjo-iphe bẹ
ikpe Chileke a-nma;
ọphu oodobedu ndu iphe-ẹji
l'ẹka ndu pfụberekoto nọ.
6 Noo kẹle Chipfu abọru ndu
pfụberekoto ụzo;
obenu l'ụzo kẹ ndu
ẹjo-iphe e-me;
ẹphe abụru mkpurupyata.

## 2

1 ?Bụ gụnu kparụ iphe,
ọhamoha gude
ẹhu-eghu aba hanyịhanyi?
?Ọ nwụru ịnwu-agha bẹ
ndiphe achị ẹjo idzu,
enwedu ishi?
2 Ndu eze, bu ishi ndiphe
akwakọbe k'ọgu;
ndu-ishi dzukọbe;
g'ẹphe tsoo Chipfu ọgu;
tsokwaphọ onye ono,
ọ họtaru g'ọ bụru eze
ono ọgu.
3 Ẹphe sụru: “Unu g'anyi
nyakashịa mkpọro ono,
ẹphe gude tụgbabe anyi ono!
Unu g'anyi gbabushia
ẹgbirigba ono,
ẹphe gude kee anyi

ẹgbu ono.”
4 Ọlobuele-a ọchi bẹ onye ono,
sụgaru l'aba-eze iya
l'imigwe ono achịje phẹ;
mbụ l'ọo ọchi bẹ ọonoduje
ezi Nnajịụphu.
5 Ọ -nọnyaepho l'ọ gbanwụbe
iphu pfuaru phẹ opfu
ẹhu-eghu;
l'o gude oke ẹhu-eghu iya
mee gẹ ndzụ rwuta phẹ.
6 Ọo-sụ phẹ: “Mu gudewaa
ẹka mu mee onye mu
họtaru;
g'ọ bụru eze l'úbvú Zayọnu;
mbụ úbvú ono,
mu doberu nsọ ono.”
7 Onye ọbu, ọ họtaru ọbu sụ:
“Mu e-wotaẹpho
ekemu Chipfu tụa jala.
Noo kẹle Chipfu sụwaru mu;
Ọo ngu bụ Nwa mu.
E -shi ntanụ-a bẹ mu
bụakwaa Nna,
nwụru ngu nụ.
8 Mu e-woẹrupho ọha l'ophu
nụ ngu g'ọ bụru
okiphe ngu.
Mu e-woru mgboko l'ophu
nụ ngu g'ọ bụru alị-ihe ngu;
m'ọ bụru l'ị rwọru mu iya.
9 Ọ bụru mgbọrígwè bẹ ii-gude
bụru ishi phẹ;

gude iya kụa phẹ pyaapyaa
g'ite ụrwa.”
10 Ọo ya bụ; unubẹ ndu
bụkwanu eze;
unu kwakwaa ẹnya!
Unubẹ ndu-ikpe kẹ
mgboko-a; unu ngabẹkwa
nchị l'ọkwa ono,
aanmaru unu ono!
11 Unu gudekwa ndzụ-agụgu
wata ejeru Chipfu ozi!
Unu egude ẹhu-anmanma
tee ẹswa!
12 Unu phozeta tsutsua Nwa iya
ọbu ọnu l'ọkpa.
A nọnyaa ẹhu wata iya eghu
eghu;
o mee g'unu bụru
mkpurupyata lẹ gbororo;
kẹle ọ kwa nwiphe,
ha nwanshịi bẹ akpatsuje
iya ẹhu-eghu.
Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ ndu
gbapfuru iya nụ;
je anọdu iya l'ẹka
zee ndzụ.

# 3

*Ebvu-ọma, Dévidi deru teke ọogbalaru nwa iya Abụsalomu*

1 Oowaa Chipfu; ndu achị
mu lẹ njọ paakwaru igwerigwe!
Ndu wulihuru etso mu opfu

bụkwa agụta agụta.
2 Ndu epfuru mu nụ sụ lẹ
Chileke ta adzọtadu
mu pakwaphọ
igwerigwe.
3 Ọlobu Chipfu; ọ kwa ngu bụ
onye egbobutajẹ mu nụ.
Ọo ngu bụ onye emeje;
l'aakwabẹ mu ùbvù;
bya abụru ngu anọduje
ekutse mu.
4 Mu woliru olu mu raku
Chipfu.
Ọ gbẹ l'úbvú ono,
o doberu nsọ ono
zaa mu ẹnu.
5 Mu zẹ-zeta kuru
mgbẹnya; kua ya
teta;
kẹle ọo Chipfu
gude ndzụ mu.
6 Ụnubuku nemadzụ
ugbo iri ono,
kwakachaaru
nọ-phee mu
mgburugburu ono
bẹ mu ta atsụkwa
ebvu.
7 Kwolihurọ Chipfu;
Chileke mu;
jiko dzọo mu rọ!
Chinaa ndu ọhogu
mu ẹka lẹ nchị;
chitsushia phẹ;

l'i chishia ndu
ẹjo-iphe eze l'ọnu.
8 Ọo gụbe Chipfu
adzọje nemadzụ.
Gọnuru ọnu-ọma ngu nụ ndu
nke ngu.

# 4

*Ebvu-ọma, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu; g'a kpọru une ye iya*

1 Zaa mu ẹnu mẹ mu raku ngu;
jiko Chileke mu; onye
pfụberekoto.
Ị gbaru mu mkpu teke mu shi
eje iphe-ẹhuka.
Jiko phụaru mu obu-imemini;
nụmaro epfupfu,
mu epfu anụ ngu!
2 ?Bụ teke ole bẹ unubẹ
ụnwu-eliphe a-ha egude ùbvù,
a kwabẹru mu eme iberezi?
?Bụ teke ole bẹ unu e-yeberu
obu l'iphe, enwedu ishi;
mbụ woru onwunu haarụ
iphe, abụdu ọkpobe iphe?
3 Ọle ọphu unu a-maru bụ lẹ
Chipfu họtawaru ndu
yeru iya obu doberu
onwiya.
Mu -chiku Chipfu bẹ ọozaje
mu ẹnu.
4 Ẹhu -ghuahaa unu eghu;

unu te ekwekwa
g'ẹhu-eghu ọbu kpatarụ
unu eme iphe-ẹji.
Unu zẹkpoepho nwapyakọo
l'iphe, unu azẹje azẹe;
tọo nwẹhu rịa ya arịri;
nọ-kirishia.
5 Gẹ ngwẹja, unu a-nọdu egwe
anụ Chileke bụkwaru
ngwẹja, dụ iya ree.
Unu adakobeje Chipfu.
6 Ikpoto nemadzụ asụje:
“?Jiko Chipfu; mebanaaru
anyi iphe ọma.
Menaa g'iphe dụru anyi lẹ
ree!”
7 Obenu l'ẹhu-ụtso ọphu i meru;
ọ nọdu atsọ mbẹdua
bẹ kakwa ọphu atsọje
phẹ nụ;
mẹ iphe, ẹphe meberu
l'opfu phẹ mehu shingushingu.
8 Mu a-tọkpoepho nwẹhu
zẹ-zeta kuru mgbẹnya
l'ẹhu-guu;
kẹle ọo gụbe Chipfu kpoloko
emeje gẹ mu maru l'ọ tọ
dụdu iphe, sụru mu emebata.

# 5

*Ebvu-ọma, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu; g'a phụru ototo ye iya*

1 Jiko Chipfu; ngabẹnu nchị

nụma olu mu;
Jiko gẹ ude, mu atsụ rwua
ngu rọ l'ẹhu!
2 Gụbe Chileke mu, bụ onye
Eze mu;
ngabẹnu nchị nụma mkpu,
mu echi echiku ngu!
Noo kẹle ọo ngu bẹ mu epfu
anụ.
3 Gụbe Chipfu; ụtsu g'ụtsu bẹ
ịinumaje olu mu.
Mu ewojeru mkpa mu
dooru ngu giriri; daa
ngabẹru ngu ụtsu g'ụtsu.
4 Chileke; ị tị bụdu onye
ẹjo-iphe adụje ree.
Ọphu iikwejedu gẹ ndu eme
ẹjo-ememe nọ-kube
ngu.
5 Ndu eku onwophẹ ta adụdu
ike apfụru l'iphu ngu.
Iphe, bụkpoo ndu eme iphe,
adụdu ree bẹ dụkota
ngu ashị.
6 Iphe, bụkpoo ndu anọduje
adzụ ụka bẹ iimeje
g'ẹphe bụru mkpurupyata.
Ndu egbu ọchi; yẹe ndu ụgho
bẹ gụbe Chipfu anọduje
akpọfu akpọfu.
7 Obenu lẹ mbẹdua a-byajẹ
l'ụlo ngu;
eshinu i yeru mu obu.

Ọ bụru ntsumebvu bẹ mu
e-gudeje gha iphu
l'eze-ụlo ngu, dụ nsọ
baarụ ngu ẹja.
8 Kpọ-ziaru mu ụzo jiko Chipfu
eshinu ị bụ onye
pfụberekoto.
Kpọ-zinaaru mu ụzo;
m'ọbvu ndu achị mu
lẹ njọ.
Menaa g'ụzo, ịicho gẹ mu
shia doo mu ẹnya.
9 Ọ tọ dụdu opfu, shi phẹ l'ọnu
mẹ nanụ, e gude ẹka.
Obu phẹ bụ iwashị tụkoru
iya sweta.
Ire phẹ bẹ ẹphe egudeje aja
nwibe phẹ ajaja;
obenu l'iphe, nọ phẹ l'ime
obu anọduje eshi
ishi g'ilu, gheru ọnu.
10 Jiko Chileke; menaa g'iphe-ẹji,
ẹphe eme tukoru phẹ l'ishi!
G'idzu, ẹphe chịru nmakwaa
phẹ g'ọ́nyà.
Chịshichaa phẹ Chileke;
noo kẹle ẹphe
kwefunụkawaru ngu
ike;
tẹme ẹphe nọdu anọduje
atụpya ngu tekenteke.
11 Obenu-a; g'ẹhu-ụtso bụkwaru
kẹ ndu agbabajẹ l'ime

ngu je anọdu
zeeru ndzụ.
G'ẹphe gụje ebvu ẹhu-ụtso
jasụ lẹ tuutuutuu lẹ
mịimiimii.
Gbochitenu phẹ Chileke!
G'iphe, bụkpoo ndu yeru
ẹpha ngu obu etee ẹswa.
12 Noo kẹle ọo gụbe Chipfu
agọjeru ọnu-ọma nụ
ndu pfụberekoto.
Iigudeje l'ọo l'ẹphe dụ ngu
l'obu gbobuta phẹ.

# 6

*Ebvu-ọma, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu; g'e gude olu-edede gụa ya; g'a kpọru une ye iya*

1 Gụbe Chipfu; te egudekwa
ẹhu-eghu baarụ mu
mba!
Te egudekwa ẹnya,
ata ngu kpịtikpiti hụ̀a
mu àhụ̀hù!
2 Phụaru mu obu-imemini
jiko Chipfu;
kẹle mu eyifuwa eyifu.
Mee g'ẹhu dụ mu ike;
kẹle ẹhu mu l'ophu
tụko aphụkota mu
kparịkpari.
3 Tẹme meji nọdu atọfukwa

mu phọ atọfu.
Sụ-a; gụbe Chipfu; ?bụkpoo a
-nọo jasụ teke ole
b'ịi-gbaru mu mkpu?
4 Lwaphutanụ azụ Chipfu;
bya agbafụta mu gẹ mu
dzụru ndzụ. Phụnaaru mu
obu-imemini; dzọ mu rọ!
5 Kẹle; onye nwụhuru nụ
ta anyataẹkwaru ngu.
?Bụ onye a-gbẹ l'alị-maa
ekele ngu ekele?
6 Mu tsụakwaru ude jasụ ike
bvụ mu.
Ẹnyashi mbọku-mbọku bẹ mu
azẹje l'iphe-azẹe mu
kwakọta ẹkwa
mkpụrumkpuru.
Ọphu ọ dụdu mbọku,
a nọghajeru g'ẹnya-mini
ta agba utso l'iphe,
mu azẹje azẹe.
7 Aphụ, tsọru mu nụ mewaru;
mu raa ẹkwa aphụ
ragaraga.
O mewaru; ọphu mu
aphụ-rweẹdu aphụ-rwe;
ọ bụru iphe, ndu achị mu
lẹ njọ kparụ.
8 Unu tụko parụ mu haa;
unubẹ ndu ono, eme iphe,
adụdu ree ono;
kẹle Chipfu nụmawaru

olu ẹkwa mu.
9 Chipfu nụmawaru arworwọ,
mu rwọru iya.
Epfupfu, mu epfu anụ iya
rwuwaru iya nchị.
10 G'e kpukwaa ndu ọhogu mu
iphu lẹ ntụ;
gẹ meji tọfukwa phẹ.
G'ẹphe tsẹkwaa iphu ẹgwegwa
gude iphere laphu azụ.

# 7

*Ebvu-aphụ, Dévidi gụru nụ Chipfu lẹ k'iphe, Kushi, bụ oshilọkpa Benjiaminu pfuru*

1 Gụbe Chipfu, bụ Chileke mu;
ọ kwa l'ime ngu bẹ
mu gbabarụ je ezeeru
ndzụ mu.
Dzọnaa mu dzọta l'ẹka iphe,
bụ ndu achị mu nụ;
jiko nafụta mu rọ!
2 Ọdumeka bẹ ẹphe e-gudekwa
mu labushia nanụ nanụ;
g'onye agụ dzugburu;
ẹbe adụ onye ọzo, mu nweru,
a-gbaru mu mkpu.
3 Gụbe Chipfu, bụ Chileke mu;
a -gụfukwa lẹ-a:
l'o nweru iphe, apfụduru-ọto,
mu mejeru;
4 mbụ m'ọ -bụru l'o nweru

onye opfu adụduru mu l'iya,
mu mejeru ẹjo-iphe;
ọzoo lẹ mu natajẹru ndu
achị mu lẹ njọ iphe k'ẹhuka;
lẹ bẹ adụ iphe, kparụ iya nụ;
5 ọo ya bụ gẹ ndu ọhogu mu
ono chịa mu gude;
zọwa mu rọ tọlitoli;
wowarụro ùbvù ono,
aakwabẹje mu ono rwụa lẹ ntụ.
6 Gụbe Chipfu; kwolihunụ
l'ẹhu-eghu!
Jiko gbẹshinu; nọchia ndu ono,
l'achị mu lẹ njọ ono ụzo;
mbụ ndu ono,
atụ kpereree abyapfuta
mu ono.
Kwolihurọ Chipfu; kẹle ọ
kwa gụbedua tụru
ekemu sụ gẹ ndiphe
kpeje ikpe, pfụru ọto.
7 Jiko chịkobenu ọha l'ophu
ono, dzukọberu nụ ono;
g'ẹphe gbaa ngu
mgburugburu.
L'ị nọ-zeta l'aba-eze ngu
l'ephekerephe.
8 Ọo gụbe Chipfu bụ onye
e-kpe ndu ono ikpe.
Jiko Chipfu hanarụ mu enge;
kẹle mu bụ onye
pfụberekoto;
ọphu ọ dụdu ẹka ụta dụ

mu l'ẹhu.
9 Gụbe Chileke, bụ onye
pfụberekoto;
gụbe onye enyochaję ime
obu waa egomunggo;
jiko menaa g'ẹjo-ememe,
ndu ẹjo-iphe anọduje
eme bụru bugemu!
Mee gẹ ndu pfụberekoto
ngụru angụru!
10 Chileke bụ onye egbobutaje
mu nụ.
Ọo yẹbedua adzọje ndu obu
phẹ gụru ìphóró.
11 Chileke bụ onye ekpeje ikpe,
pfụru ọto;
bya abụru onye egoshije
oke ẹhu-eghu iya
mbọku-mbọku.
12 O -lenyaa ẹnya l'izimanụ
a-lwa onye ẹjo-iphe azụ;
ọphu ọ dudu;
bẹ oo-wokwaru ogu-echi
iya baa ababa.
Ụta iya bẹ o setaanarụ-a kẹ
kịkiki kwabẹru ndu
ọbu.
13 Ẹjo ngwọgu iya ono bẹ o
meakwaru dobe;
bya edoziwaa apfụ iya,
o meru ọ nọdu ekegbaa
pfụpfupfu.
14 Lewarọ lẹ ndu ẹjo-iphe

tsụtagbaaru ime iphe-ẹji.
Ẹpho bewaru phẹ l'ezeda ẹjo
ẹregede.
Ọ bụru ntuphu-ire bẹ
ẹphe e-mechaa nwụa.
15 Ẹphe buru iduma;
bya ebvumia ya ebvumi;
ọle ọo ẹphebedua
e-mechaa dalahụ
l'iduma ọbu.
16 Ẹregede, ẹphe agba
l'e-mechakwaphọ
daphutaru phẹ azụ;
bya adakoru phẹ l'ishi.
Tẹme iphe-kpanganga,
ẹphe meru ndu ọzo bẹ
a-lwaphutakọtaru phẹ azụ.
17 Mbẹdua a-nọduepho ekele
Chipfu ekele l'ọ bụ
onye pfụberekoto.
Mu agụa ebvu gude tua
onye ono, bụ
Ọkalibe-kakọta-shii
onoya ẹpha.

# 8

*Ebvu-ọma, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu; g'e gudeje ngwa ebvu, jíta gụa ya*

1 Gụbe Chipfu, bụ Nnajịuphu
anyi;
ẹpha ngu nyịberu anyịbe lẹ
mgboko l'ophu.

Gụbe onye woru ọdu-biribiri
ngu dobe doghaa igwe.
2 I mewaru ụnwegirima;
waa ndu angụ ẹra;
ẹphe wata ngu aja ajaja;
m'ọbvu ndu ọhogu ngu;
shi nno mee g'ọnu
bụru ndu ọhogu ngu ono;
waa ndu eme g'ẹphe
gwata ngu ụgwo
iphe kpụrukudukuu.
3 Teke mu leru ẹnya l'igwe
l'ophu, bụ iphe, i gude
mkpụshi-ẹka ngu mee;
mbụkpoo ọnwa mẹ
kpokpode, bụchaa iphe,
i meru ememe dobe;
4 bẹ mu asụje: "?Bụ gụnu
bẹ nemadzụ bụ; kẹ
g'ịiri-vuje iya?
?Bụ gụnu bẹ ụnwu-eliphe,
bụ kẹ g'iiletajẹ phẹ ẹnya?"
5 I meru iya; ọphu iphe,
ụnwu imigwe gude
sengoo ya
ahakpọdanu g'ẹnya-nvọ.
I kpuberu iya
o-gbu-nwịinwii
g'okpu-eze; bya akwabẹ
iya ùbvù, parụ ẹka.
6 I nụru iya ike g'o letakọta
iphemiphe, i meru
ememe ẹnya;

bya emee g'iphemiphe
nọdukota iya l'ẹka;
7 mbụ g'atụru; yẹe eghu;
waa eswi;
waa anụ-ẹgbudu g'ẹphe
hakọta;
8 mẹ ẹnu, ephe l'eli;
waa ẹma, bu lẹ mini;
mẹwaro iphemiphe,
bu lẹ mini g'ẹphe ha
nọdukota iya l'ẹka.
9 Gụbe Chipfu,
bụ Nnajịuphu anyi;
ẹpha ngu nyịberu anyịbe
lẹ mgboko l'ophu.

# 9

*Ebvu-ọma, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu; g'e gude olu ebvu, "Ẹkwa Nwa" gụa ya*

1 Gụbe Chipfu; mu e-gude obu
mu l'ophu ekele ngu
ekele.
Mu a-nọdu epfukashị
iphe, dụ biribiri,
iimeshigbaa.
2 Ẹhu a-nọdu atsọ mu ụtso;
mu egude ngu ete ẹswa.
Mu agụ ebvu etu ngu ẹpha;
gụbe
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ!
3 Ndu ọhogu mu tsuphuwaru
azụ!

Ẹphe vukotawaru iphe daa;
bụru mkpurupyata
l'atatiphu ngu!
4 Noo kẹle i kpewaru ikpe,
pfụru ọto bya ahaaru
mu enge.
Ị nọ l'aba-eze ngu kpee ikpe,
pfụru nhamụnha.
5 Ị bawaru ọhamoha mba;
bya emee ndu ẹjo-iphe;
ẹphe bụru mkpurupyata.
I mewaru g'ẹpha phẹ
chịhu achịhu jasụ
lẹ tuutuutuu lẹ
mịimiimii.
6 Ndu ọhogu mu phẹ bẹ
nkephẹ bvụwaru.
Ibe phẹ a-bụerupho ochobu
jasụru asụru.
Mkpụkpu phẹ bẹ ị vụwaru
l'ọgbarabvu;
ọphu ọ dụedu onye
nyatarụ iya nụ.
7 Chipfu a-bụru eze jasụ
lẹ tuutuutuu lẹ
mịimiimii.
O mewaru aba-eze iya ono
g'ọ ngụru angụru;
k'ọphu ọo-nọdu iya kpee
ikpe.
8 Oo-kpe ndu mgboko ikpe,
pfụru ọto.
Ikpe, ookpeje apfụjeru

nhamụnha.
9 Ndu eemekpa ẹhu agbabajẹ
Chipfu l'ẹka je ezeeru
ndzụ.
Ndu iphe-ẹhuka byaru
agbabajẹkwa iya
phọ l'ẹka je edomia
onwophẹ.
10 Iphe, bụkpoo ndu maru ngu
nụ bụ ngu bẹ ẹphe
dakoberu;
kẹle gụbe Chipfu teke
agbadoswee ndu achọ
ngu amaru.
11 Unu gụa ebvu gude tua
Chipfu ono, bụ eze lẹ
Zayọnu ono ẹpha.
Unu tụaru ọhamoha ọnu iphe,
o meru.
12 Noo kẹle yẹbedua, akpajẹ
ishi ọchi onye e gburu
egbugbu;
bẹ nyatakwarụ phẹ nụ.
Ndu iphe-ẹhuka byaru -chia
mkpu bẹ ọ tọo
gbajẹkwa phẹ nkụchi.
13 Gụbe Chipfu; phụaru mu
obu-imemini!
Lewarọ gẹ ndu achị mu lẹ njọ
akpabe mu ẹhu!
Lọfutanu mu l'ọnu-ọguzo maa!
14 Ọo ya bụ gẹ mu anọdu
l'ọnu-abata Nwada Zayọnu

ono jaa ngu ajaja;
bya etekwaaphọ ẹswa l'ị
dzọtaru mu.
15 Ọhamoha dalahụwaru l'iduma,
ẹphe buru nwẹka phẹ.
Ẹphe jewaru ekoda l'ụgbu,
ẹphe geru l'onwophẹ.
16 Iphe, e gude maru Chipfu bụ
g'oogudeje ekpe ikpe.
Ndu ẹjo-iphe egudeje
ẹjo-ememe, ẹphe eme
gbabẹru onwophẹ
ọ́nyà dalahụ.
17 Ndu ẹjo-iphe bẹ aa-chịru ye
l'alị-maa;
mbụ l'iphe, bụkpoo ọha,
zọharu Chileke bẹ
a-lakọta l'alị-maa.
18 Obenu lẹ ndu adụdu g'ọ
dụ phẹ bẹ ọ tọo
zọhajekwa jasụru;
ọphu iphe, ndu ụkpa
ele ẹnya lẹ Chipfu
e-meru phẹ
abyadụ ala kẹ mmanụ.
19 Gbalihukpọdapho gụbe Chipfu;
g'ọ tọ bụ nemadzụ
l'agbẹ ka ngu ike!
G'e kpee ọhamoha ikpe l'iphu
ngu!
20 Chipfu; menaa gẹ
ndzụ-agụgu rwuta phẹ;
k'ọphu ọhamoha ono

a-maru l'ọo nemadzụ
mmanụ bẹ ẹphe bụ.

# 10

1 ?Dẹnu g'o gude i je apfụru
ụzenya Chipfu?
?Dẹnu g'ọ nwụru i domiru
onwongu nta-a,
iphe-ẹhuka byaru-a?
2 Ndu ẹjo-iphe egudeje eku
onwophẹ achị nta ndu
ụkpa.
Gẹ ndu ẹjo-iphe ono
nmalahụkwa l'ìdzù,
ẹphe chịru dobe!
3 Iphe, ndu ẹjo-iphe egudeje
aba abaa bụ iphe,
ẹphe rịru dobe l'obu phẹ.
Chileke bẹ ẹphe anọduje
epfutọshi;
ọ bụchiaru ndu iphe
taa asụjeduru asụru
bẹ ẹphe
anọduje ekutse.
4 Ndu ẹjo-iphe egudeje eku
onwophẹ jịka achọ
Chileke;
ọphu ẹphe arivujedu
Chileke ililekpọo.
5 Ọle iphemiphe, ẹphe eme
anọdujeele-a ejehuru phẹ.
Ndu achị phẹ lẹ njọ bẹ ẹphe
akakputeje l'ẹnya;

ọphu ẹphe
ahụmajedu ikpe ono,
Chipfu e-mechaa
kpee phẹ ono.
6 Iphe, ẹphe arịje l'obu phẹ
bụ l'ẹphe bụwaa
enwubata enwubata;
l'ẹphe ta abyadụ eje
iphe ẹhuka.
7 Iphe, ejije phẹ ọnu ebushihu
ebushihu bụ ephu
iphu;
waa aghọ ụgho waa
emekpa nwibe phẹ ẹhu.
Iphe, ẹphe akpụjeru
l'ọnu bụerupho
ẹregede yẹe iphe,
adụdu ree.
8 Ẹphe ewohajẹ onwophẹ
l'agụga mkpụkpu.
Ọ bụru ẹka ono,
ẹphe domiru onwophẹ;
kwabẹru ndu a-nmada
phẹ l'ẹka ono
bẹ ẹphe anọduje
gbushia ndu enwedu iphe,
ẹphe meru.
9 Ọo g'oduma edomije onwiya
l'ẹgbudu kwabẹru
ụnwu-anụ-a bụ g'ẹphe
edomije onwophẹ
kwabẹru ndu ụkpa.
Teke ẹphe nmataẹru phẹ

phọ; ẹphe akpụru
phẹ lashịa.
10 Ndu nmadaru phẹ l'ẹka bẹ
ẹphe egweje arakabya;
jasụ ẹphe eworu ẹnya
kurwua.
Ẹphe egudeje ọkpehu phẹ
kụa ndu ụkpa ono
pyaapyaa.
11 Ẹphe arịje lẹ Chileke
zọhakotawaru iphe,
ẹphe meru;
mbụ lẹ Chileke ghawarụ
okotazụ;
ọphu ọ byaẹdu aghaba
ẹnya l'azụ hụma iphe ono,
ẹphe meshiru ono.
12 Gụbe Chipfu;
gbalihukpọdapho
agbalihu!
Gụbe Chileke; palikpọdapho
ẹka ngu apali!
Ta azọhashinu ndu ono,
aakpa ẹhu ono!
13 ?Dẹnu g'ọ nwụru ndu
ẹjo-iphe anọduje epfutọshi
Chileke?
?Bụ gụnu meru iphe,
ẹphe anọduje arị lẹ Chileke
ta adụdu iphe,
oome phẹ?
14 Obenu l'ịitukoje iphemiphe
hụmakota.

Ịihumaje ndu eje iphe-ẹhuka;
waa ndu agụ aphụ.
Ọphu ịichijeduru ẹka ye
l'iphu ụtapfu.
Ndu ụkpa bụ gụbedua bẹ
ẹphe woru ndzụ phẹ
ye l'ẹka.
Ndu nna phẹ anọedu bụru
gụbedua agbajẹru phẹ
mkpu.
15 Nyakwonaa ndu ẹjo-iphe ẹka;
mẹ ndu eme ẹjo-ememe.
Vọkwaa ẹjo-iphe, ẹphe eme
g'ọha. Ba ahakwa mẹ nanụ.
16 Ọo Chipfu bụ Eze jasụ lẹ
tuutuutuu lẹ mịimiimii.
Ndu ọhozo a-chịhu l'alị
kẹ Chipfu.
17 Gụbe Chipfu; iphe,
ndu dụ àgù rwọru ngu
bẹ ị nụmawaru.
Ọo gụbedua emeje g'obu
nmapfuru phẹ;
tẹme ị nọdu anụmajẹ olu phẹ.
18 Haarụ ndu nna phẹ anọedu enge;
waa ndu eemekpa ẹhu.
G'ụnwu-eliphe haa phẹ
akpapya ishi.

# 11

*Ebvu, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu*

1 Mu woru onwomu ye Chipfu

l'ẹka.
?Dẹnu g'ọ nwụru unu sụru
gẹ mu phee ephephe
g'ẹnu je edomia onwomu
l'ẹka úbvú dụ?
2 No kẹle ndu ẹjo-iphe woharu
onwophẹ seta apfụ phẹ
kẹ kịkiki g'ẹphe gbaa
ndu obu phẹ
gụru ìphóró.
3 Eshi ọphu e mebyishiwaru
itso, gude mkpụkpu;
?bụhunu gụnu b'a sụru
g'ọnye-pfụberekoto
mebaa ọzo?
4 Chipfu nọkwa l'eze-ụlo iya,
dụ nsọ.
Ẹka aba-eze Chipfu nọ
bụkwa l'imigwe.
Ọ bụru l'ẹka ono bẹ ọonoduje
ele ẹnya lẹ mgboko.
Ẹnya iya atụko ụnwu-eliphe
l'ophu hụmagbua.
5 Chipfu enyochajekwa ndu
pfụberekoto;
mẹ ndu ẹjo-iphe enyocha.
Obenu lẹ ndu bụ iphe,
adụje phẹ ree bụ
eme ndu ọzo iphe
kpanganga adụje iya ashị.
6 Ndu ẹjo-iphe ono bẹ
oo-mechaa dzeeru
icheku-ọku yẹe

ọku-nshiegbe g'igwe
edzeje mini-a.
Ọ bụru ẹjo phẹrephere,
ekpo ọku a-bụru
okiphe phẹ.
7 Chipfu bụ onye pfụberekoto.
Ndu eme iphe, pfụru
nhamụnha adụje
iya ree.
Ndu obu phẹ gụru ìphóró
e-mechaa hụma
iphu iya.

# 12

*Ebvu-ọma, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu; g'e gude olu-edede gụa ya*

1 Gụbe Chipfu; bya agbaa
mkpu lẹ ndibe ngu
bvụakwaru!
Ọ tọ dụekwa ẹka
aahụmakwadu onye
ire-lanụ.
2 Onyemonye anọduje adzụru
nwibe iya ụka;
gude opfu-enwunwu
eduphushi nwibe phẹ.
3 Gụbe Chipfu; menaa g'ẹphe
chịhu;
mbụ ndu ono, enwuru
nwibe phẹ
opfu-enwunwu ono;
waa ndu ono, anọduje etu

onwophẹ oke ẹpha ono.
4 Mbụ ndu ono, asụje l'ẹphe
a-nọdu epfu g'ọ dụ phẹ;
l'ọ tọ dụdu onye sụru
akpọ-buru opfu ye phẹ
l'ọnu.
?Bụkwanu onye atụru phẹ
iphe, ẹphe e-pfu?
5 Obenu lẹ Chipfu byakwanụ
eyeru phẹ ọnu bya asụ phẹ:
“O rwuakwaru teke ya
a-byapfuta unu;
kẹle ndu ụkpa bẹ unu
kpatashiwaru ẹhu;
tẹme ndu adụdu g'ọ dụ phẹ
gụnukawa aphụ unu.
Nta-a bẹ o rwuwaru teke
ya a-gbaru phẹ mkpu ono,
ẹphe ele ẹnya iya ono.”
6 Iphe, Chipfu pfuru
bụ ọkpobe opfu.
Opfu iya ono dụ g'ọkpobe
mkpọla-ọchaa,
a hụru l'ọku-ụzu mgbo ẹsaa
g'o gbuchafụ egbuchafụ.
7-8 Ndu ẹjo-iphe dzuakwaru
ẹkameka; tẹme iphe,
ụnwu-eliphe gharu iphu
bụwaru ẹjo-ememe.
Obenu l'ọo gụbe Chipfu
anọduje eche anyi.
Ọo ngu eletajẹ anyi ẹnya
mkpụrumkpuru

g'ẹka ndu ẹjo-iphe te erwu
anyi l'ẹhu.

# 13

*Ebvu, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu*

1 Gụbe Chipfu; ?bụ jasụ teke
ole bẹ ịi-zọha-beru mu
g'ị zọharu mu ọwa-a?
?Bụ jasụ l'ojojoje tọo?
?Bụ jasụ teke ole
bẹ ịighaberu mu azụ?
2 ?Mu a-takpọo nshi jasụ teke ole?
?Bụ je eberu iberu-agha bẹ
aphụ e-ji mu obu eswe
l'ẹnyashi ẹgube ọwa-a?
?Bụ teke ole bẹ ndu ọhogu
mu a-tụ-beru okoo
kpua mu?
3 Lenaa mu ẹnya gụbe Chipfu,
bụ Chileke mu;
yenaaru mu ọnu!
Menaa gẹ mu hụma ụzo;
a nọnyaa mu nwụhu!
4 K'ọphu ndu ọhogu mu
ata asụjedu l'ẹphe
mekpewaru mu.
Noo kẹle ndu achị mu lẹ njọ
bẹ e-tekwa ẹswa mẹ
mu daa.
5 Obenu l'ọo n-yemobu ngu bẹ
mu dakoberu.
Mu ete ẹswa; kẹle mu maru

l'ịi-dzọta mu.
6 Mu a-nọdu agụ ebvu anụ
Chipfu;
kẹle ọ nwụbenukaru
mu ẹnya.

# 14

*Ebvu, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu*

1 Ndu eswe anọduje arị l'ime
obu phẹ lẹ Chileke
ta adụdu.
Ẹphe mebyishiwaru
onwophẹ;
bya emewaa iphe,
Chileke kpọru ashị;
ọphu ọ dụdu m'onye lanụ
eme iphe, dụ ree.
2 Chipfu gbẹ l'imigwe lee ẹnya
lẹ mgboko-a; mbụ l'ẹhu
ụnwu-eliphe;
gẹ ya maru ?o nweru onye
kwarụ ẹnya?
Mbụ g'ọ maru ?o nweru onye
achọ yẹbe Chileke?
3 Ọle g'ẹphe ha tụkowaru haa
ụzo jephuhu.
Ẹphe tụkowaru g'ẹphe ha
mebyishihukọta.
Ọ tọ dụdu g'ọ ka mma l'ọo
onye lanụ eme iphe,
dụ ree.
4 Ọ dụkwa gẹ ndu ono,

eme ẹjo-ememe ono te
nwedu egomunggo;
mbụ ndu ono, anọduje
eri ndibe mu g'onye eri nri;
ọphu ẹphe epfujedu
anụ Chipfu.
5 Ẹphe bụ ndu ndzụ-agụgu
rwutaru;
obenu lẹ Chileke nọ-kube
ọgbo ndu pfụberekoto.
6 Ọobujeru; ndu ụkpa -chịchaa
idzu; unubẹ ndu
ẹjo-iphe akpọshia ya.
Ọle onye ẹphe gbabarụ l'ime
iya je anọdu ezeru ndzụ
phẹ bụkwa Chipfu.
7 Ọ dụ mu g'e shi lẹ Zayọnu
bya adzọo ndu Ízurẹlu.
Jiékọpu e-te ẹswa; ẹhu atsọo
Ízurẹlu ụtso mẹ Chipfu
dophuẹpho ndibe iya
azụ l'ọnodu phẹ.

# 15

*Ebvu-ọma, Dévidi deru*

1 Gụbe Chipfu; ?bụ onye
e-buru l'ibe ngu?
?Bụ onye dụ ịdu-agha e-buru l'úbvú
ngu, dụ nsọ?
2 Ọo onye enwedu ẹka ụta dụ
iya l'ẹhu;
bya abụerupho iphe, pfụru

ọto bẹ ọonoduje eme;
mbụ onye epfuje ire-lanụ,
shi iya l'obu;
3 mbụ onye ete evujedu
nwibe iya nvu-azụ;
ọphu o mejedu nwibe iya ẹji;
tẹme ọphu opfubyishijedu
nwibe iya epfubyishi.
4 Onye akpọje ndu dụ Chileke
ẹji ashị.
Obenu lẹ ndu atsụ Chileke
ebvu bẹ ọokwabeje úbvú.
Onye abụjeru; o -ribua nte lẹ
ya e-me iphe;
l'o mee iphe ọbu; m'obeta
o jee ebuta iya.
5 Onye bụ; o -jie nemadzụ
ụgwo; o too ledu ẹnya
ntụkwase;
ọphu oorijedu ụphalazu
l'ishi ndu iswi dụ mma.
Onye eme nno bẹ a ta
byakpọdaa enwubata
enwubata jasụru asụru.

# 16

*Ebvu-ọma, Dévidi deru*

1 Gbochite mu gụbe Chileke;
kẹle ọo ngu bẹ mu gbabarụ
l'ẹka je ezeeru ndzụ.
2 Mu sụru Chipfu; “Ọo ngu bụ
Nnajịuphu nkemu.
Iphe, bụ iphe, dụ ree, mu

nweru bụ ngu bẹ o shi
l'ẹka.”
3 A bya lẹ ndu dụru Chileke
nsọ, bu l'eliphe-a;
ọo ẹphe bụ ndu dụ akpabiri;
bụru phẹ kachaa mu
adụ l'obu.
4 Ndu anọduje akpọ ephuhuru
agwa bẹ mgburwashị-ẹhu
phẹ anọduepho
aka shii eje.
Mee anụ, shi mu l'ẹka ta
abyadụ ebe agwa phẹ
ono l'ọnu;
ọphu mu abyadụ egude
ọnu mu ọwa-a kpọ-ku phẹ.
5 Ọo Chipfu bụ okiphe,
mu ketarụ;
bya abụru iya bụwaa mu
mkpakọ lẹ nswikọ;
mbụ l'ọo gụbe Chipfu bẹ iphe,
mu a-bụru nọ l'ẹka.
6 Iphe, e ketarụ mu dụ ree
dụgharu iya ẹka;
mbụ l'okiphe nkemu dụkpoo ree.
7 Mu a-nọduje etu Chipfu ẹpha;
mbụ onye akpọ-ziru
mu ụzo.
Ọobujeru; o -be l'ẹnyashi;
obu mu eziahaa
mu iphe.
8 Mu anọdujeepho arị kẹ
Chipfu tekenteke.

Tekenteke bẹ ọ nọ
mu l'ẹkutara;
k'ọphu a ta abyadụ enwubata
mu enwubata.
9 Noo g'o gude ẹhu nọdu
atsọ mu ụtso.
Mu nọdu ete ẹswa l'ime obu
mu;
kẹle ọ tọ dụdu iphe,
byaru emebata mu nụ.
10 Noo kẹle mu maru l'ị tịi hadụ
mu l'alị-maa.
Ị tịi hadụ onye nkengu,
dụ nsọ g'o rehu
erehu.
11 Obenu l'i goshichiaru mu ụzo
ndzụ.
Anọno, mu anọduje l'iphu
ngu tekenteke emeje
g'ẹhu-ụtso ji mu obu.
Mbụ l'anọno, mu anọduje
l'ẹkutara ngu e-me
g'ẹhu tsọo mu ụtso
jasụ l'ojejoje.

# 17

*Epfupfu, Dévidi*
*pfuru nụ Chileke*

1 Gụbe Chipfu; ngabẹ nchị!
Nụma arwọrwo, mụbe onye
pfụberekoto arwọ
ngu!
Tọgbo nchị nụma mkpu,

mu echi echiku ngu;
l'i gbobe nchị nụma epfupfu,
mu epfu anụ ngu;
kẹle ọ tọ bụdu ụgho bẹ
mu aghọ.
2 Jiko byanụ ahaaru mu enge!
Byanụ elee ya ẹnya;
maru onye iswi dụ mma!
3 I nyochawarụ ime obu mu;
tẹme ị hụwa mu ama
l'ẹnyashi;
bya elerwewa mu ẹnya
ọkpobe elerwe.
Obenu l'ọ tọ dụdu iphe-ẹji,
ị hụmaru mu l'ẹhu.
Ọnu mu bẹ mu kwabẹru ẹnya
g'ọ tọ dụ ẹjo opfu,
e-shi iya nụ.
4 A -bya l'iphe, nemadzụ
emegbabe; bẹ mu
mekwarụpho iphe, i pfuru;
buru ụbara yeru ndu iwashị.
5 Ọ bụ ọkpa, ị tọru bẹ mu
anọduje etso;
ọphu ọ dụdu teke ọkpa
chiswafujeru mu.
6 Iphe, mu gude epfu anụ ngu
Chileke bụkwa l'ịingajeru
mu nchị.
Gbobenụ nchị; nụma olu mu!
7 Jiko menaa gẹ mu hụma
n-yemobu ngu ono,
dụ biribiri ono;

gụbe onye abụjeru;
ndu -gbabarụ ngu l'ẹka
je ezeeru ndzụ
l'i gude ẹkutara ngu dzọta
phẹ l'ẹka ndu ọhogu phẹ.
8 Jịfujeru mu ẹjo-iphe;
ẹgube ono, aajịfuje
iphe-ọnuka g'ọ tọ rwụpya
akpụru ẹnya ono.
Woru mu domia lẹ mkpula
ǹkù ngu;
9 gẹ ndu ẹjo-iphe ta akpa
mu ẹhu;
mbụ ndu ọhogu mu ono,
nọ-pheru mu mgburugburu
eme g'ẹphe gbua mu ono.
10 Imemini nemadzụ ta
adụjedu phẹ;
tẹme ẹphe nọdu egudeje
ọnu eku onwophẹ.
11 Nta-a abụjeru; ẹkameka,
mu shiru; ẹphe etsophe mu;
nọ-phee mu mgburugburu;
eme g'ẹphe kwatsua mu.
12 Ẹphe adzụgabejechaa
g'agụ, ẹgu àgụ́;
ọ nọdu achọ anụ,
ọo-dzụ-gbu;
mbụ l'ẹphe adụje g'ẹjo agụ,
nmakpuru anmakpuru
kwabẹru iphe
e-shita iya iphu.
13 Gbalihunụ gụbe Chipfu;

fụaru phẹ!
Menaa g'ẹphe gbushi
ikpere huaru ngu
ọnu l'alị!
Gudenụ ogu-echi ngu
dzọo mu l'ẹka ndu
ẹjo-iphe!
14 Gudenụ ike nkengu nafụta
mu l'ẹka phẹ;
mbụ l'ẹka ndu okiphe
nkephẹ kpajiru l'iphe
kẹ mgboko-a;
mbụ ndu i meru;
ẹphe nweru ẹku;
nweru iya k'etsutsu iya;
k'ọphu ụnwu phẹ mẹ
ụnwu nwanwa phẹ
e-nweru iphe nweru
k'anyịnyi.
15 Obenu lẹ mbẹdua bẹ e-gude
apfụbekoto hụma
iphu ngu.
Mu -tehuẹpho bẹ ẹhu-ụtso
e-ji mu obu;
noo kẹle mu a-hụma
ụgbugba ngu.

# 18

*Ebvu, Dévidi, bụ*
*onye-ozi Chipfu deru nụ*
*onye-ishi ebvu*

*Ebvu-a bẹ ọ gụru gude kele Chipfu lẹ mbọku, Chipfu nafụtakotaru iya l'ẹka ndu ọhogu iya l'ophu; kelekele kẹ Sọlu*

*(2Sám 22)*

1 Mu yeru ngu obu Chipfu.
Ọo ngu bụ ike mu.
2 Ọo Chipfu bụ
agbara-mkpuma nkemu;
bya abụru
ụlo-ezeru-ndzụ mu;
bụru onye
agbafụtaje mu nụ.
Ọo Chileke mu bụ
agbara-mkpuma,
mu agbabajẹ je edomia
onwomu.
Ọo ya egbobutaje mu g'ọ
tọ dụ iphe, e-me mu nụ.
Ọ bụru iya bụ onye egudeje
ọkpehu iya dzọo mu.
Ọo l'ime iya bẹ mu agbabajẹ
je anọdu zeeru ndzụ.
3 Ọo Chipfu ono, bụ onye
gbaru g'a jajẹ iya
ajaja ono bẹ mu arakuje;
l'ọ dzọo mu l'ẹka ndu
ọhogu mu.
4 Anwụhu shiwaa chie mu
ẹgbirigba l'olu.
Ọla-l'iswi nọdu asọ
gborogboro gẹ mini
asọ-pfuta mu.

5 Ẹkpa-oyi alị-maa nwụa mu
kpalaa.
Anwụhu shiwaa woru ọ́nyà
gbabẹru mu.
6 Ọle teke mu eje iphe-ẹhuka bẹ
mu rakuru Chipfu.
Mu rakuru Chileke mu;
sụ g'ọ dzọo mu.
Ọ gbẹ l'eze-ụlo iya nụma olu
mu.
Mkpu, mu chiru chiku iya
rwua ya lẹ nchị.
7 Noo ya bụ; eliphe l'ophu
tehu kparịkpari;
nmakọta jiijiijii.
Ọkpa úbvú l'ophu
nmaghukọta anmaghu;
kẹle Chileke bẹ ẹhu eghu eghu.
8 Ẹnwuru ọku shi iya l'imi
akpụ kẹ tụutuutuu.
Ọku, shi iya l'ọnu afụshi
tụkoepho iphemiphe
ekepyashị.
Icheku-ọku iphe,
o kepyashịru tụko
ẹkameka ata pfụpfupfu.
9 Ọ dọjaha akpaminigwe
kẹ tararara; ọ bụru
iya alụfuta.
Ọchii, gbahụru kẹ tsụkiribaa
nọdu iya lẹ mkpula
ọkpa.
10 Ọ nọdu l'eli chierobu phezeta.

Ọ bụru lẹ ǹkù phẹrephere
bẹ o degeru ezi
phuphuphu.
11 O woru ọchii kpuchia onwiya;
mbụ l'urwukpu, mini jiru
ejiji bẹ nọ-pheru iya
mgburugburu.
12 Urwukpu; waa
akamini-mkpuma; waa
icheku-ọku, ata pfụpfupfu
shi l'ogbunwịinwii ya
agụshihugba.
13 No iya; Chipfu gbẹ
l'akpaminigwe tụa
egbigwe.
A nụma olu onye ono,
bụ Ọkalibe-kakọta-shii
ono;
bya ahụma akamini-mkpuma;
waa icheku-ọku,
ata pfụpfupfu.
14 Ọ gbaa apfụ iya gude chịkaa
ndu ọhogu iya.
Ebemu-igwe bẹ ọ kụru kẹ
phoo.
Ẹphe zẹkota l'ọso gbalachaa.
15 Gụbe Chipfu ziru unme fuu
gbọoru ndu ọhogu
ngu ụja.
Eze Ẹnyimu sọkahu ẹbo;
k'ọphu a hụmachaaru
ọhu-ẹnyimu l'ẹnya;
kpuhachaa ẹka a tụru

ọkpa-alị mgboko; a hụma.
16 Chipfu gbẹ l'imigwe tụfu ẹka;
zụ mu gburumu;
gụfuta mu l'ogbu-mini.
17 Ọ nafụtakwaru mu phọ l'ẹka
ẹjo ọhogu mu;
mẹ l'ẹka iphe, bụkpoo ndu
mu dụ ashị;
noo kẹle ẹphe kariru mu ẹka.
18 Mbọku ono, mu eje iphe-ẹhuka
ono bẹ ẹphe tsoru mu ọgu;
obenu l'ọo Chipfu gbatarụ
mu ike.
19 Ọo yẹbedua kutaru mu dobe
l'ẹka mu nọ tụsaru ẹhu.
O yeru mu ẹka nafụta mu l'ọgu;
kẹle mu dụ iya l'obu.
20 Chipfu buru mu nggo;
kẹle mu bụ onye
pfụberekoto;
mbụ kẹle mu bụ onye iswi
dụ mma.
21 Noo kẹle ọ bụepho ụzo,
Chipfu tọru bẹ mu
anọduje etso.
Ọphu mu egudejedu eme
ẹjo-iphe gbakụtaru
Chileke azụ.
22 Ekemu Chipfu bẹ mu
nwụbekotaru ẹnya g'ọ ha.
Tẹme ọphu mu aghajẹduru
iphe, ọ sụru g'e meje
okotazụ.

23 Ọ tọ dụkpodaa ẹka ụta dụ
mu l'ẹhu l'atatiphu iya.
Mu sedekpọerupho onwomu;
ọphu ọ dụdu ẹjo-iphe,
mu yejeru ẹka.
24 Chipfu buru mu nggo;
kẹle mu bụ onye pfụberekoto;
mbụ l'o buru mu nggo;
kẹle mu bụ onye iswi
dụ mma l'iphu iya.
25 Ndu yeru ngu obu bẹ
iigoshije l'i yeru phẹ obu.
Ndu dụebe ree bẹ ịiduebejeru
ree.
26 Ndu obu phẹ gụru ìphóró
bẹ iidobejeru obu ìphóró.
Ị nọdu emejeru ndu doberu
ụzo phẹ nggọdogo
nggọdogo g'umere
phẹ gbaru.
27 Ndu wozeru onwophẹ
alị bẹ ịidzotaje;
obenu lẹ ndu eku
onwophẹ bẹ iiwozeje
alị l'onwongu.
28 Ọo gụbe Chipfu eyejeru mu
ọku l'orọku mu.
Ọo gụbe Chileke mu emeje
g'ìphóró dụru mu
l'ẹka ọchii agba.
29 Eshinu iiyeru mu ẹka bẹ mu
e-tso ikpoto ndu ojọgu ọgu.
Igbulọ mkpụkpu phẹ bẹ mu

e-nyi; eshinu mu lẹ
Chileke swị.
30 Ụzo Chileke bẹ ntụcha
adụdu m'ilile.
Opfu Chileke bụkota ọkpobe
opfu.
Oogbobutaje ndu gbabarụ
l'ime iya je anọdu zee ndzụ.
31 ?Bụ onye bụba Ọkalibe,
dụ nụ, abụdu
Chipfu kpoloko?
?Bụ onye bụba
agbara-mkpuma,
abụdu Chileke anyi?
32 Ọo Chileke emeje g'ike dụ
mu.
Ọ bụru iya meru ụzo mu;
ọphu ntụcha adụdu iya.
33 Oomeje gẹ mu pfụ shọoshoo
gẹ mgbada;
mbụ l'oomeje gẹ mu
pfụru pfụshia ike
l'eli úbvú.
34 Ọ zụru mu; mu maru
g'aalwụje ọgu;
k'ọphu bụ l'ọ tọ dụdu
m'obeta ọ bụru apfụ,
e kweru l'igwe;
mu adụele-a ike gbaa ya.
35 Ọo gụbe Chipfu egbobutaje
mu; shi ẹgube ono
dzọo mu.
Ọ bụru ẹkutara ngu bẹ

iigudeje gudeshia mu.
Ẹka iiyeru mu ekutseje mu.
36 I mesataru ụzo mu ọsa;
g'ọkpa te echiswafu mu.
37 Mu gude ọso chịa ndu
ọhogu mu gude;
ọphu mu anmadụru nggụ;
jasụ mu mee phẹ;
ẹphe bụru mkpurupyata.
38 Mu chiru phẹ pyakapyaka;
k'ọphu ẹphe ta adụedu
ike gbelibaa ishi ọzo.
Ẹphe zẹgbaepho kẹ manyọo
lẹ mgboru ọkpa mu.
39 Ọo ike nkengu bẹ mu gude
eje ọgu.
Ndu etso mu opfu bẹ i meru;
ẹphe gbushiru mu ikpere.
40 Ndu ọhogu mu bẹ i meru;
ẹphe ye ọkpa l'ọso.
I mee; mu tụko ndu mu dụ
ashị gbushikọta.
41 Ẹphe chiru mkpu;
ọphu ọ dụdu onye gbaru
phẹ mkpu.
Ẹphe raku Chipfu;
ọphu o yedụru phẹ ọnu.
42 Mu gwerụ phẹ uji mee phẹ;
ẹphe dụ g'urwuku,
phẹrephere zikashịru.
Mu wụshia phẹ g'ẹpuchi lẹ
gbororo.
43 Ị nafụtaru mu l'ẹka ndu etso

mu opfu; bya emee;
mu mu bụru ishi ọhamoha;
k'ọphu ndu mu eshidu
maru byaru alwakọta
mu l'ẹka.
44 Ẹphe -nụma l'ọwa-a iphe,
mu sụru g'e mee baa;
ẹphe emee ya ẹgwegwa.
Ndu ọhozo nọdu
ephozekọtaru mu.
45 Meji tụfukota iphe,
bụ ndu ọhozo ono;
tẹme ẹphe nọdu eshijegbaa
l'ẹka ẹphe shi wohaa
onwophẹ phụru
yẹyeye byapfuta mu.
46 Chipfu nọkwa ndzụ;
unu tua
agbara-mkpuma
nkemu ono ẹpha!
Unu kutsee Chileke;
l'ọo ya bụ onye adzọje
mu nụ!
47 Ọo Chileke ejeje agwata
ụgwo iphe, ndu ọhogu
mu meru mu.
O meru; ụnwu-eliphe
nọdu mu lẹ mkpula.
48 Ọonafutaje mu
l'ẹka ndu ọhogu mu.
Oowolije mu eli woru
mu doghaa ndu
etso mu opfu.
Ọogbafutaje mu l'ẹka

ndu emeje nemadzụ
iphe-kpangangaa.
49 Noo g'o gude mu je
a-pfụru l'iphu ọhamoha
kele gụbe Chipfu ekele.
Mu a-gụ ebvu gude tua
ngu ẹpha.
50 Onye eze, ọ họtaru bẹ
oomeje g'o mekpee
l'ọgu.
N-yemobu iya bẹ
ọonoduje egoshi onye
ọ wụru manụ l'ishi,
bụ Dévidi yẹe oshilọkpa
iya jasụ lẹ tuutuutuu
lẹ mịimiimii.

# 19

*Ebvu-ọma, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu*

1 Igwe l'ophu atụ ọnu gẹ
Chileke dụ-be biribiri.
Akpaminigwe nọdu egoshi
g'oomebe ọna.
2 Eswe mbọku-mbọku atụ ọnu
iya; tẹme ẹnyashi nọdu
emeje g'a kabaa ya
amaru.
3 A taa nụdu olu phẹ;
ọphu ọ dụdu iphe,
ẹphe epfu, aanụ lẹ nchị;
4 Obenu l'olu phẹ tụkoru eliphe
l'ophu ngakọta.

Ozi, ẹphe ezi jerwuchaa ẹka
mgboko beru.
Ọo Chileke kpụru ụlo doberu
ẹnyanwu l'imigwe.
5 Ẹnyanwu nọdu eshije l'ụlo
iya ọbu kpufuta gẹ nwoke,
lụru nwanyị k'ọ̀phúú.
Ẹhu nọdu atsọ iya gẹ
mkparawa, ike dụ,
l'eje atụ ẹgo ọso.
6 Ọowaje l'akpaminigwe l'ishi
lanụ; o shi l'ishi iya
ono jee jasụ l'ishi
iya ọphuu.
Ọphu ọ dụdu iphe, a-sụ
lẹ ya nọ l'ẹka
okpomọku iya te
erwudu iya l'ẹhu.
7 Ekemu Chipfu dụebe ree.
Oomeje g'obu gụ-zeta
nemadzụ.
Omelalị, Chipfu doberu ta
angadu anganga.
Oomeje g'onye amazidu iphe
kabaa amaru iphe.
8 Iphe, Chipfu tụru ọkpa iya
pfụkwaru nhamụnha.
Oomeje g'ẹhu tsọo nemadzụ
ụtso.
Iphe, Chipfu sụru g'e meje
doru rịsaa.
Oomeje nemadzụ g'ọ
hụma-rweta ụzo ree.

9 Ntsumebvu Chipfu dụ ree.
Ọo-nọ jasụ l'ojejoje.
Iphe, Chipfu tụru l'ekemu
bụ eviya.
Ọ pfụkotaru nhamụnha.
10 Ọ ka mkpọla-ododo agụ ẹgu;
gẹ mkpọla-ododo ono
adụhabe ree.
Tẹme ọ tsọhaa manụ-ẹnwu
l'ụtso; m'o rwuhaa
ọ bụru ẹbakala-ẹnwu.
11 Ọonoduje alọ mụbe onye-ozi
ngu ẹka lẹ nchị.
Obunggo dụru iya onye
anọduje eme iphe,
o pfuru.
12 Ọle ọ bụ; ?bụ onye amajẹru
teke ya eme iphe-ẹji?
Jiko sachafụkwa mu iphe-ẹji,
mu meru ọphu mu amadụ.
13 Yetarụ mụbe onye-ozi ngu
ẹka jiko gẹ mu te
elekebeje ẹnya mee
iphe-ẹji.
Te kwekwa g'iphe-ẹji kapyabẹje
mu ẹnya.
Ọo ya bụ gẹ mu a-dụebe ree;
tẹme l'a haarụ mu enge
lẹ mu ta tụpyajeduru
gụbe Chipfu.
14 Jiko Chipfu; g'opfu,
shi mu l'ọnu; mẹ iphe,
mu arị l'ime obu mu dụje

ngu rọ ree;
kẹle ọo ngu bụ
agbara-mkpuma mu;
bya abụru onye agbafụtaje
mu nụ.

# 20

*Ebvu-ọma, Dévidi deru*
*nụ onye-ishi ebvu*

1 Gẹ Chipfu nụmaro olu ngu
nta-a, iphe-ẹhuka byaru
ngu-a!
Gẹ Chileke kẹ Jiékọpu jiko
gbobutakwa ngu!
2 G'o shikwa l'ụlo iya,
dụ nsọ bya agbaarụ
ngu mkpu!
G'o shinu lẹ Zayọnu bya
agbaarụ ngu ọdzori!
3 G'ọ nyatakwa iphemiphe,
ị mịru ẹnya nụ iya!
G'ọ natakwa
ngwẹja-akpọ-ọku,
i gwerụ nụ iya!
4 G'ọ nụkwa ngu iphe,
dụ ngu l'obu!
G'o mekwaa g'iphe,
ị tụberu jee g'ị tụberu iya!
5 Ọo ya bụkwanu g'anyi
atụa okoo m'anyi nụmaepho
l'ẹka nkengu kangoru.
Anyi achị-liaru Chileke
anyi ẹkwa-ọhubama.

Gẹ Chipfu mekwarụ ngu
iphemiphe, ị rwọkotaru
iya!
6 Nta-a bẹ mu mawaru lẹ
Chipfu dzọtawaru onye nkiya,
a wụru manụ l'ishi.
Ọogbeje l'imigwe,
dụ nsọ ono za iya ẹnu.
Ọ nọdu egudeje ọkpehu iya
mee g'ẹka onye eze
kangoo.
7 O nweru ndu achịjeru ụpfu
kwẹe l'ụgbo-ịnya.
O nwekwarụpho ndu ọphu
akpọjeru obu ye
l'ịnya-ọgu phẹ.
Obenu l'anyịbedua bụ
ẹpha Chipfu, bụ Chileke
anyi bẹ anyi dakoberu.
8 Ẹphebedua vukotawaru abalị
dagbua ọchii;
obenu l'anyịbedua gbẹshiru
pfụru pfụshia ike.
9 Jiko Chipfu; menaa g'ẹka
onye eze anyi kangoo!
Nụmaro olu anyi nta-a,
anyi araku ngu-a!

# 21

*Ebvu-ọma, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu*

1 Gụbe Chipfu; ẹhu atsọ eze ụtso

l'ọkpehu ngu parụ ẹka.
Lewarọ ẹgube ẹswa,
oote l'i meru; ẹka iya kangoo!
2 I mekpọeru iya phọ iphe,
dụ iya l'obu;
ọphu ọ dụdu iphe,
ọ sarụ ọnu sụ g'i meeru iya,
i ti medụru iya.
3 I gude iphe-ọma, nyịberu
anyịbe gba iya ndzuta;
bya eworu okpu-eze,
e meru l'ọkpobe
mkpọla-ododo kpube
iya l'ishi.
4 Ọ rwọru ngu ndzụ;
ị nụekwa iya ya phọ;
mbụ mee g'eswe ndzụ iya
bụru ojejoje.
5 Emekpe ono, i meru;
o mekpee ono meru;
a nọdu akwabẹ iya ùbvù,
parụ ẹka apaa.
I meru; ọ dụ akpabiri;
egbu nwịinwii.
6 Mbụ-a; l'ị gọwaru iya
ọnu-ọma ojejoje;
bya emee g'ẹhu tsọje iya ụtso;
noo kẹle ị nọ swiru iya.
7 Eshinu eze dakoberu Chipfu;
tẹme Ọkalibe-kakọta-shii
yee ya obu bẹ a ta
abyakwa enwubata iya
enwubata.

8 Ẹka ngu a-kpachaaru ndu
ọhogu ngu g'ẹphe hakọta.
Ndu ị dụ ashị bẹ ii-gude
ẹkutara ngu zụ pfụurii.
9 Teke ii-me g'a hụma ngu
bẹ ịi-hụ phẹ l'ọku,
enwu phoophoophoo;
mbụ lẹ Chipfu
a-tukoshi phẹ oke
ẹhu-eghu iya;
gude ọku tsupyashịa phẹ.
10 Ii-mebyishi awa phẹ lẹ
mgboko-a l'ophu;
mekwaaphọ g'ụnwu phẹ
chịhu lẹ mgboko-a.
11 Ẹphe a-nọdu achịkpooru
ngu ẹjo idzu;
gbachaaru ngu kẹ njọ;
ọle ọ tọ dụdu ọphu e-nweru ishi.
12 Kẹle ii-me g'ẹphe ye ọkpa l'ọso;
m'ị setaẹpho apfụ ngu kẹ
kịkiki g'ị gbaa phẹ.
13 Gụbe Chipfu; g'e kutsee ngu
l'ọkpehu parụ ngu ẹka.
Anyịbedua a-nọdu agụ ebvu
etu ngu ẹpha l'ike
dụnukaru ngu.

# 22

*Ebvu-ọma, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu; g'e gude olu, “Ele Nchi-abọhu” gụa ya*

1 Chileke mu! Chileke mu!
?Bụ gụnu bẹ o gude ị haa mu
nkịnyi mu?
?Bụ gụnu meru g'o gude ị haa
mu adzọta je anọdu mu
ụzenya?
?I je anọdu g'ị tị nụma ude,
mu atsụ?
2 Gụbe Chileke mu;
eswe l'ẹnyashi bẹ mu
arakuje ngu;
ị tịi zadụ mu ẹnu; obenu
lẹ mu ta anọkirishijedu.
3 Ọle ị dụnaa nsọ g'ị dụ;
mbụ gụbe onye eze ndu
Ízurẹlu anọduje etu ẹpha.
4 Ọo ngu bẹ nna anyi phẹ
dakoberu.
Ẹphe dakoberu ngu;
ị nafụta phẹ.
5 Ẹphe rakuru ngu; ị dzọo phẹ.
Ẹphe dakobe ngu;
ọphu i kpuduru phẹ
iphu lẹ ntụ.
6 Obenu lẹ mbẹdua bụ
mgbashiride;
mu ta abụdu nemadzụ.
Mu bụ onye ụnwu-eliphe
emeje iphe-iphere;
bya abụru onye adụdu iphe,
ndiphe gụberu iya.
7 Iphe, bụkpoo ndu ele mu
ẹnya achị mu ọchi;

aphụru mu ẹgbonu;
bya ekweru mu une; sụ:
8 “Ọ kwa l'ọ sụru l'ọo Chipfu
bẹ ya boru mkpa iya.
Ngwa; gẹ Chipfu ọbu
nafụtanu iya!
G'ọ gbafụtanu iya;
eshinu ọ sụru lẹ ya dụ
Chipfu l'obu.”
9 Ọle ọ kwa ngu-a kufutaru
mu l'ẹpho ne mu.
Ọ bụru ngu meru; mu
dakobe ngu; e -shirọ
teke mu angụkwadu ẹra.
10 A nwụru mu bya ekuru
mu ye ngu l'ẹka.
E -shi teke mu nọ l'ẹpho ne
mu bẹ ị bụhawaa Chileke mu.
11 Ba nọdukwa mu ụzenya;
kẹle iphe-ẹhuka nọkwa mu
phakuu;
ọphu mu enwekwa onye
gbaru mu mkpu.
12 Oke-eswi, dụ igwerigwe
nọ-pheru mu anọ-phee;
mbụ lẹ obobẹna ndu
Beshanu gbaru mu
mgburugburu.
13 Ẹphe sagbaaru ọnu galaba
eje abyapfuta mu g'oduma,
l'agbọ ụja, ejepfu anụ,
oo-gbu; taa.
14 A wụshiru mu gẹ mini.

Iphe, bụ ọkpu, nọ mu
l'ẹhu gbụghashịhu.
Nta-a bẹ obu mu dụwaa
g'ụ̀nwù.
Ọ nọwa mu l'ime zashịhu
azashịhu.
15 Ike bvụwaru mu;
ọphu ụvohu adụhedu
mu m'ilile.
Ire nyakụwaru mu l'akpo.
I woru mu gwọphua
l'urwuku gẹ mu nọdu
nwụhu.
16 Nkụta nọ-phewaru mu
mgburugburu.
Ikpoto ndu eme ẹjo-ememe
gbaphewaa mu
mgburugburu;
kpọ-fushia mu ẹka yẹe
ọkpa.
17 Nta-a bẹ ẹgara agụwa
mu ọgu.
Ndiphe tụkowa chịru ẹnya
dzee mu ele mu kẹ
phọriphori.
18 Ẹphe kee uwe mu l'ẹhu l'ẹhu;
o be l'ọphu mu eyeje l'ime ẹhu;
ẹphe tụa ido g'ẹphe maru
onye a-chịta iya nụ.
19 Jiko gụbe Chipfu;
ba nọdukwa mu ụzenya!
Gụbe mkpakọ ike mu;
bya ẹgwegwa bya

agbaarụ mu mkpu!
20 Gbafụta ndzụ mu g'e te
gude ogu-echi phụa mu!
Gbafụtaro mkpakọ iphe ono,
mu nweru ono, bụ ndzụ mu;
gẹ nkụta ta takashị iya!
21 Jiko dzọtanu mu l'ọnu
oduma;
waa lẹ mgbaka mpu atsụ.
Eshinu ị zawaru mu ẹnu;
22 bẹ mu a-ra ẹpha ngu arara
g'ụnwunna mu phẹ
nụma-dzuru.
Mu anọdu l'edzudzu-ọha jaa
ngu ajaja.
23 Unubẹ ndu atsụ Chipfu ebvu;
unu jaa ya ajaja!
Iphe, bụkpoo g'unu ha bụru
oshilọkpa Jiékọpu;
unu kwabẹje iya ùbvù!
Unubẹ oshilọkpa Ízurẹlu
l'ophu; unu bajẹru iya ẹja!
24 Kẹle onye iphe-ẹhuka byaru
b'ẹ o too lejedu
olegbulẹnya;
mbụ l'ọ tọo gbadojedu
onye eje iphe-ẹhuka;
ọphu ọ ghajẹduru
iya azụ.
Ọonumaje-chia olu, o gude
chiku iya lẹ mkpu.
25 Mu a-nọdu l'edzudzu-ọha jaa
ngu ajaja iphe, i meru mu.

Ọ bụru l'iphu ndu atsụ ngu
ebvu bẹ mu a-nọdu
mekọta iphe, mu riburu
angụ ememe.
26 Ndu ụkpa bẹ ẹpho e-ji.
Ndu achọ Chipfu ajaa
ya ajaja.
“Gẹ ndzụ unu bụru ojejoje.”
27 Ụnwu-eliphe l'ophu
e-mechaa nyata iphe,
nwụru nụ.
Ẹphe adakọbe lwapfuta
Chipfu.
Mbụ-a; iphe, bụkota ipfu,
nọkota l'ọhamoha
bẹ e-mechaa bya
abakọtaru iya ẹja.
28 Kẹle iphe, bụkotakpoo
alị-eze ndiphe l'ophu
bụkota kẹ Chipfu;
tẹme ọ bụru iya achịkota
ọhamoha.
29 Iphe, bụkpoo ndu nweru iphe
l'eliphe-a bẹ e-mechaa bọoru
iya ọbo-iphe; bakwaarụ
iya phọ ẹja;
tẹme iphe, bụkotakpoo
ndu e-mechaa bụru ẹja bẹ
e-mechakwaphọ gbua
ikpere l'atatiphu iya;
mbụ ndu ta adụdu ike edobe
onwophẹ ndzụ.
30 Ọgbo, nọ l'iphu e-jeru iya ozi.

Ọgbo, a-bya nụ bẹ aa-kọru
kẹ Nnajịuphu.
31 Aa-rarụ iya ndu e teke
anwụkpodanu anwụnwu
lẹ Nnajịuphu bụ onye
pfụberekoto;
mbụ l'ọo yẹbedua meru iya.

# 23

*Ebvu-ọma, Dévidi deru*

1 Chipfu eche mu g'onye eche
atụru;
ọphu ọ dụkpodaa iphe,
ụko iya bya adụru mu.
2 Oomeje gẹ mu zẹe tụta unme
l'ẹka irwu ẹswa dụ.
Ọ nọdu eduje mu eje l'agụga
mini, dọru nyịmunyimu.
3 Oomeje g'obu gụ-zeta mu.
Ọ bụru ụzo, pfụru ọto bẹ
oodujeru mu shia g'ee-shi
g'ẹpha iya apfụru.
4 Obetakpọo ọ bụru ụzo,
dụ lẹ nsụda, gbahụru
tsụkiribaa bẹ mu eshi
ọ tọ dụdu ẹjo-iphe,
mu atsụ ebvu iya;
kẹle ị nọ swiru mu eswiru.
Mgbọro mẹ oshi-mpalẹka
ngu anọduje adụ mu obu.
5 Iigweshijeru mu nri gẹ
mu ria l'iphu ndu achị
mu lẹ njọ.

Ị nọdu eteje mu manụ,
eshi mkpọ l'ishi g'eemeje
onye a kwarụ ẹbyaa.
Okoro mu bẹ iimeje;
l'o ji pyịmu pyịmu
ebushihu ebushihu.
6 Ọ bụepho k'ọma waa
n-yemobu Chipfu a-nọdu
etso mu jasụkpoo gẹ mu
a-nọ-beru.
Mu ebuerupho l'ụlo Chipfu
jasụwaruroya.

# 24

*Ebvu-ọma, Dévidi deru*

1 Mgboko; yẹe iphemiphe,
nọ iya nụ bụkota kẹ Chipfu;
mbụ eliphe-a l'ophu;
mẹkpoo ndu bu iya nụ;
2 kẹle ọo l'eli eze-ẹnyimu
bẹ ọ tụru ọkpa iya;
bya emee ya;
ọ ngụru angụru l'eli ẹnyimu
ime-alị.
3 ?Bụ onye a-dụ ike nyihu
úbvú Chipfu?
?Bụ onye a-dụ ike pfụru
l'ẹka o doberu nsọ?
4 Ọo onye ọbochi-ẹka iya labọ
adụdu iphe-ẹji, dụ iya nụ;
tẹme obu iya gụa ìphóró;
onye te ewoduru obu iya
ziberu iphe, bụ ụgho;

tẹme ọphu ọokpapyabejedu
iphe, o meru gụa ẹnwa.
5 Onye ono bẹ Chipfu a-gọru
ọnu-ọma nụ;
tẹme Chileke ono, bụ onye
adzọje iya nụ ono ahaaru
iya enge.
6 Noo g'ọgbo, achọ ngu nụ
adụje bụ onoya;
mbụ ndu achọ g'ẹphe hụma
iphu gụbe Chileke kẹ Jiékọpu.
7 Unu gụhashia ọnu-abata
ono g'o gheru ọnu!
Unu gụhashia mgbo ndiche
ono;
k'ọphu eze akpabiri a-bata.
8 ?Bụ onye bụkpoo eze
akpabiri ọbu?
Ọo Chipfu, bu onye nwe
ike yẹe ọkpehu;
mbụ Chipfu onye ejeje ọgu
lwụ-kpee.
9 Unu gụhashia ọnu-abata
ono g'o gheru ọnu!
Unu gụhashia mgbo ndiche ono;
k'ọphu eze akpabiri a-bata.
10 ?Bụ onye bụkpoo eze akpabiri
ono?
Ọo Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike
bụ eze akpabiri ọbu.

# 25

*Ebvu, Dévidi deru*

1 Ọo gụbe Chipfu bẹ mu gude
obu mu g'ọ ha epfu anụ.
2 Ọ bụru gụbe Chileke mu bẹ
mu dakoberu.
Te kwekwa g'e kpua mu iphu
lẹ ntụ;
ọphu i kwekwa gẹ ndu ọhogu
mu tụru okoo kpua mu.
3 Ọ tọ dụkpodaa onye ẹnya dụ
l'ẹka ị nọ, e kpujeru
iphu lẹ ntụ.
Obenu lẹ ndu eme umere,
agbadụru phẹ nụ;
ẹbe adụ iphe, kparụ iya nụ
bẹ ee-kpu iphu lẹ ntụ.
4 Jiko Chipfu; goshinu mu
gbororo ngu;
menaa g'ụzo ngu doo mu
ẹnya ree!
5 Goshi mu ụzo, mu e-shije
eme ọkpobe opfu ngu;
l'i zia mu iphe l'onwongu;
kẹle ọ ngu bụ Chileke,
l'adzọje mu nụ.
Ọ bụru l'ẹka ị nọ bẹ ẹnya mu
adụje mbọku-mbọku.
6 Gụbe Chipfu; jiko nyatakwa
obu-imemini;
yẹe n-yemobu ngu;
kẹle ẹphe shi l'ojejoje.
7 Ta nyatakwa iphe-ẹji,
mu meshiru l'okorọbya;
ọphu ị nyatakwa lẹ mu

shi kwefuru ngu ike.
Gude kẹle i yeru mu obu
nyata mu rọ;
kẹle ị dụ ree Chipfu.
8 Chipfu dụ ree bya abụru
onye obu iya gụru ìphóró.
Ọ bụru iphe ono meru g'o
gude ọ nọdu ezije
ndu iphe-ẹji ụzo iya ono.
9 Ndu wozeru onwophẹ alị
l'iphu iya bẹ ọonoduje
edu g'ẹphe mee iphe,
pfụru nhamụnha.
Ọ nọdu anọduje ezi phẹ ụzo
iya.
10 Ndu eme iphe, dụ
l'ọgbandzu Chipfu;
bya eme iphe, ọ sụru g'e
meje
bẹ Chipfu egoshije lẹ ya
yeru obu; bya abụru
o-me-g'o-pfuru;
mbụ ndu edobeje iphe,
ọgbandzu ẹphe l'iya pfuru.
11 A makwarụ-a l'ẹjo-iphe,
mu meshiru ngu parụ ẹka.
Ọlobu Chipfu; jiko gụaru
mu rọ nvụ g'ẹpha
ngu apfụru.
12 ?Bụ onye bụkpoo onye atsụ
Chipfu ebvu?
Onye ono bẹ ọo-kpọ-ziru ụzo,
gbaru iya l'eshishi.

13 Onye ono bẹ iphe a-nọdu
aduru lẹ ree
mkpụrumkpuru.
Ọ bụru oshilọkpa iya
e-nweru alị ono.
14 Ndu Chipfu kpọru obu yeru
bụ ndu atsụ iya ebvu.
Ọ bụru ndu ono bẹ oomeje
g'ẹphe maru ọgbandzu
ẹphe l'iya.
15 Ẹnya mu bụepho lẹ Chipfu
bẹ ọoduje;
kẹle ọ bụe ya phọ kpoloko
bụ onye a-dụ ike zọfu
mu l'ọ́nyà.
16 Ghanaaru mu iphu;
phụnaaru mu obu-imemini;
kẹle mu nọ nkịnyi mu;
aphụ tsọkwaru mu phọ.
17 Iphe, egburwashị mu ẹhu
paakwaru igwerigwe.
Byanụ ekufuta mu l'iphe-ẹhuka
mu ono!
18 Lenaa ẹnya l'aphụ ono, byaru
mu nụ ono; yẹe ẹjo ọnodu,
mu nọ.
Gụkotanuru mu nvụ l'iphe-ẹji,
mu meru g'ọ ha!
19 Lewarọ gẹ ndu ọhogu mu
habe igwe!
Lewarọ ẹnya hụma gẹ mu
dụ-be phẹ ashị kparụ!
20 Chenu ndzụ mu nche;

jiko nafụta mu rọ;
g'e te kpu mu iphu lẹ ntụ;
kẹle ọo l'ime ngu bẹ mu nọ;
ezeru ndzụ.
21 G'iphe, a-nọdu adzọ mu nụ
bụru kẹle mu bụ onye ụta
adụdu l'ẹhu;
bya abụru onye obu gụru
ìphóró;
eshinu ọ bụ l'ẹka ị nọ
bẹ ẹnya mu dụ.
22 Jiko Chileke; gbafụtanu
ndu Ízurẹlu l'iphe-ẹhuka,
ẹphe ejekọta g'ọ ha!

# 26

*Ebvu, Dévidi deru*
1 Haarụ mu enge gụbe Chipfu;
kẹle ọ tọ dụdu ẹka ụta dụ
lẹ ndzụ mu.
Ọo ngu bẹ mu dakoberu
Chipfu;
ọphu ọ dụdu teke mu
ngajẹru anganga.
2 Hụnaa mu ama Chipfu!
Nyochana mu enyocha!
Lerwenaa ẹnya elerwe
l'ime obu mu waa
l'egomunggo mu.
3 Kẹle ọo obu, i yeru mu
anọduje akpọ-ziru mu
ụzo tekenteke;
tẹme mu nọdu emeje iphe,

i pfuru.
4 Mu lẹ ndu ẹregede ta
anọgbajekwa;
ọphu mu lẹ ndu bụ
tụko-l'ẹhu-atụko-l'obu
aswịdu ọswi.
5 Ndzukọ ndu anọduje eme
ẹjo-ememe bẹ mu
akpọ-yiru ukuvu;
ọphu mu lẹ ndu ẹjo-iphe
anọgbajedu.
6 Mu akwọje ẹka gude goshi
l'iswi dụ mu mma.
Mu abya ejephe ọru-ngwẹja
gụbe Chipfu mgburugburu;
7 akwa ẹvu; etu ngu ẹpha;
epfukashi k'iphe, dụ biribiri,
ịinoduje eme.
8 Ụlo gụbe Chipfu bẹ mu yeru
obu;
mbụ ẹka o-gbu-nwịinwii
ngu dụ.
9 Ba sakọbekwa mu lẹ
ndu iphe-ẹji ọ-sa-mpfụ;
ọphu i dobekwa mu lẹ ndu
egbu ọchi l'oshi lanụ;
10 mbụ ndu bụepho iphe-ẹji
bẹ ẹphe maru ememe;
bya abụru eri ụphalazu bụ
iphe, doru phẹ ẹnya.
11 Obenu lẹ ndzụ nkemu bẹ
ụta ta adụdu m'ilile.
Ọo ya bụ; phụnaaru mu

obu-imemini; gbafụta
mu rọ!
12 Mu pfụru l'ẹka ọkpa rwuru
mu alị.
Mu je l'anọdu l'edzudzu-ọha
tua Chipfu ẹpha.

# 27

*Ebvu, Dévidi deru*
1 Ọo Chipfu bụ ìphóró, dụru
mu nụ bya abụru onye
adzọje mu nụ.
?Bụ onye bẹ mu atsụkwanu
ebvu ọzo?
Ọo Chipfu bụ
ụlo-ezeru-ndzụ mu.
?Bụ onye bẹ ndzụ iya a-nọdu
agụbaa mu ọzo?
2 Teke ndu eme ẹjo-ememe;
mbụ ndu achị mu lẹ njọ;
waa ndu ọhogu mu tụru
kpereree byapfuta mu
g'ẹphe vụa anụ mu avụvu;
ẹphe evukota abalị dagbua
ọchii.
3 Obetakpọo ndu ojọgu
nọ-phee mu mgburugburu;
bẹ obu te etedu mu etete.
Mbụ; o betakpọo nụ ndu
ọhogu mu wulihu tsoo
mu ọgu;
mu adakobeẹle-a Chipfu.
4 Ọo iphe lanụ bẹ mu arwọ

Chipfu;
ọ bụru iphe ono bẹ mu achọ.
Iphe ọbu bụ gẹ mu nọdu
l'ụlo Chipfu jasụ lẹ gẹ mu
a-nọberu lẹ mgboko-a;
gẹ mu nọdukpoepho
egbu igo l'ọ-dụ-úbvú Chipfu;
tẹme mu anọdukwapho
l'eze-ụlo Chipfu kpatajẹ
iya ishi iphe.
5 Kẹle mbọku, ẹjo-iphe
byaru mu bẹ oo-dobe mu
l'ẹka ọ nọ;
l'o domia mu l'ime m̀kpù-ẹkwa
iya; bya eworu mu pfụbe
ephekerephe l'eli mkpuma.
6 Ọo ya bụ; mu esengoo ndu
ọhogu mu, nọ-pheru mu
mgburugburu.
Mu anọdu l'ụlo-ẹkwa
Chileke tụa oko gude
gwaa Chipfu; gụa ebvu;
kụa nkwa gude tua ya
ẹpha.
7 Jiko Chipfu; nụmanu olu
mu mẹ mu raku ngu!
Phụnaaru mu obu-imemini;
zanụ mu ẹnu!
8 Iphe, obu mu pfuru mu
bụ gẹ mu chọo iphu ngu.
Ọ bụru iphu gụbe Chipfu
ono bẹ mu achọ-a.
9 Ta aghakwaru mu azụ;

ọphu i gudekwa ẹhu-eghu
ngu nwufu mụbe
onye-ozi ngu;
kẹle ọ bụekwa ngu phọ
bụ onye shi eshinu
yetarụ mu ẹka.
Ta ajịkakwa mu;
ọphu ị gwọbekwa mu;
gụbe Chileke, bụ onye
adzọje mu nụ!
10 Nna mu yẹe ne mu
-gbadokpọo mu nụ;
bẹ Chipfu e-letalẹ mu-a
ẹnya.
11 Zia mu ụzo ngu; jiko Chipfu!
Dunaa mu shia ụzo, pfụru
nhamụnha m'ọbvu ndu
akpa mu ẹhu.
12 Ta ahakwa mu gẹ ndu
achị mu lẹ njọ mee mu g'ọ
dụ phẹ; kẹle ndu agba
mu ẹjo-ekebe wulihuru
ebo mu ibo; anmarụ
mu ọnwu ẹhuka ẹhuka.
13 Obenu l'iphe, mu chịru
ụpfu kwẹe bụ lẹ mu
a-nọdu ndzụ hụma iphe,
dụ ree, shi Chipfu l'ẹka.
14 Nọdu kwabẹru Chipfu!
Shihukpọepho ike;
gude ẹka l'obu;
kwabẹru Chipfu.

# 28

*Ebvu, Dévidi deru*

1 Ọo ngu bẹ mu araku Chipfu,
bụ oke mkpuma nkemu.
Ba gbakwa mu nkụchi;
kẹle ị -nọkirishia bẹ mu lẹ
ndu ẹja tarụ a-bụkwaru
iphe lanụ.
2 Nụmaro mkpu, mu echiku
ngu g'i yeru mu ẹka;
gẹ mu chiliru ẹka mabẹ
l'ụzo ẹka-kakọta-adụ-nsọ
ngu ono.
3 Ba tụkokwa mu lẹ ndu
ẹjo-iphe kpụta kpụfu;
mbụ ndu anọduje eme iphe,
adụdu ree;
ndu anọduje epfuru
nemadzụ ibe phẹ opfu
ẹmereme l'eli ọnu;
obenu l'iphe, dụ phẹ l'obu
bụ mgbashị.
4 Pfụa phẹ ụgwo iphe, ẹphe
meru;
mẹ ụgwo ẹjo-ememe,
ẹphe megbabẹru.
Pfụa phẹ ụgwo iphe,
ẹphe gude ẹka phẹ meta;
l'i wota iphe, gbaru phẹ
nụ wophutaru phẹ azụ.
5 Eshinu ọ dụdu iphe,
ẹphe gụberu ozi, Chipfu
jeru; mbụ iphe, Chipfu

gude ẹka iya mee l'onwiya;
bẹ oo-gude ẹka iya
dọjashia phẹ adọjashi;
ọphu ọ byadu
agbakwabaa phẹ agbakwa.
6 Unu tua Chipfu ẹpha;
kẹle ọ nụmaru mkpu,
mu chikuru iya sụ g'ọ
phụaru mu obu-imemini.
7 Ọo Chipfu bụ ike mu;
bya abụru onye egbobutaje
mu nụ.
Ọ bụru iya bẹ mu dakoberu;
ọ nọdu eyeru mu ẹka.
Mu anọduje ete ẹswa
l'ime obu mu.
Mu a-gụ ebvu gude kele
iya ekele.
8 Ọo Chipfu bụ ike ndu nkiya;
bya abụru ụlo-ezeru-ndzụ
onye o teru manụ l'ishi.
9 Dzọtanu ndibe ngu;
gọnuru ọnu-ọma nụ ndu bụ
okiphe ngu!
Chejenu phẹ nche g'onye
eche atụru;
l'i heru phẹ eheru jasụ
l'ojejoje!

# 29

*Ebvu-ọma, Dévidi deru*

1 Unubẹ ụnwu imigwe;
unu kwabẹ Chipfu ùbvù!

Unu pfua g'ọkpehu iya
habe shii!
2 Unu kwabẹ Chipfu ùbvù,
gbaru ẹpha iya!
Unu baarụ Chipfu ẹja;
mbụ onye dụ nsọ bya
adụ akpabiri.
3 Olu Chipfu tụkoru
eze-ẹnyimu ngakọta.
Ọ bụru Chileke ono,
dụ akpabiri ono atụ
egbigwe;
mbụ lẹ Chipfu atụ egbigwe
l'eli eze-ẹnyimu.
4 Olu Chipfu dụkwa ọkpehu;
mbụ l'olu Chipfu anọduje
ada kpaa kpaa.
5 Olu Chipfu agbawashịje
oshi sida; mbụ lẹ Chipfu
agbajashịje oshi sida,
pfụgbaaru l'úbvú úbvú
Lébanọnu.
6 Oomeje g'úbvú úbvú
Lébanọnu nmahụ
jiijiijii gẹ nweswi, apfụ
kẹ shọoshoo.
Ọ nọdu emeje úbvú Siriyọnu;
g'ọ nma pfụla pfụla
gẹ nwa atsụ, apfụ ntụ.
7 Olu Chipfu akụje
g'ebemu-igwe.
8 Olu Chipfu anmajẹ echiẹgu
jiijiijii;

mbụ lẹ Chipfu anmajẹ
echiẹgu Kadẹshi jiijiijii.
9 Olu Chipfu anmajẹ
achị yigayiga.
Ọojishije ẹkwo l'ọswa;
mee ya;
l'o gheru karaphongu.
Onyemonye, nọ l'ime
eze-ụlo iya a-nọdu epfu;
sụ: “Chileke dụkwa
biribiri!”
10 Chipfu sụgaru l'aba-eze
iya; utso nọdu iya lẹ
mkpula;
tẹme o je a-bụru eze
jasụ l'ojejoje.
11 Chipfu emeje g'ike
dụ ndibe
iya.
Chipfu agọjeru ọnu-ọma
nchị-adụ-doo nụ ndibe
iya.

# 30

*Ebvu-ọma, Dévidi deru*

*A gụru iya gude woru eze-ụlo Chileke ye Chileke l'ẹka*

1 Mu a-nọdu ekutse gụbe
Chipfu;
kẹle ị nalitaru mu lọfuta
mu l'ime nsụ;
ọphu i kwedu gẹ ndu ọhogu

mu teru ẹswa kpua mu.
2 Gụbe Chipfu, bụ Chileke mu;
mu rakuru ngu g'i
yeru mu ẹka.
Ị bya emee; ẹhu dụ mu ike.
3 Sụ-a; gụbe Chipfu;
ọo ngu lọ-litaru mu
lọfuta mu l'ime alị-maa.
I mee gẹ mu ta abụ onye
ẹja tarụ.
4 Unu gụa ebvu gude tua
Chipfu ẹpha;
unubẹ ndu dụru iya
nsọ!
Unu kele iya ekele;
l'ẹpha iya dụ nsọ!
5 Kẹle ẹhu te eghujedu iya
eghu nọo ọdu.
Obenu l'obu-ọmaa ya anọduje
jasụ teke onye onoya
l'a-nọ-beru.
Ẹnya-mini bụ-a l'ẹnyashi bẹ
aakwashịje iya;
o -be l'ụtsu; ebvu ẹhu-ụtso
adahaa.
6 Teke ẹhu dụ mu guu bẹ mu
sụru l'ọ tọ dụkpodaa iphe,
byaru enwubata mu nụ.
7 Gụbe Chipfu; teke i shi
emeru mu obu-ọma
bẹ i meru; mu ngụru
angụru g'úbvú.
Obenu lẹ teke ị gharu mu azụ

bẹ meji tọfuru mu.
8 Ọo gụbe Chipfu bẹ mu rakuru.
Ọ bụru gụbe Nnajịuphu bẹ
mu rwọru g'i phụaru
mu obu-imemini.
9 Mu sụru: “?Bụ urwu gụnu
bẹ anwụhu mu a-barụ
ngu?
Mbụ-a? dẹnu urwu, ii-rita iya
mẹ a tụa mu ẹja?
?Bụ urwuku, dụ l'alị a-wata
ngu ajaja?
?Bụ iya a-ra iya arara l'ị bụ
onye apfụshije ike
l'iphe, i pfuru?
10 Jiko Chipfu; nụmaro olu
mu; phụnaaru mu
obu-imemini!
Jiko Chipfu; yeru mu rọ ẹka!”
11 Ẹkwa, mu rarụ bẹ ị
gbanweru mee;
mu teahaa ebvu.
Ị bya eyefu mu uwe-aphụ,
mu yeru; woru ẹhu-ụtso
yee mu g'uwe.
12 Iphe ono bụkpoerupho
g'ee-shi g'obu mu agụaha
ebvu gude etu ngu ẹpha;
g'ọ tọ nọhe nggujingguji.
Gụbe Chipfu, bụ Chileke mu;
ọo ngu bẹ mu a-nọduje
ekele jasụ l'ojejoje.

# 31

*Ebvu-ọma, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu*

1 Ọo gụbe Chipfu bẹ mu nọ
l'ẹka ezeru ndzụ.
B'ekwekwa g'e kpua mu iphu
lẹ ntụ jasụ l'ojejoje.
Eshinu ị bụ onye
pfụberekoto; nafụtanu
mu.
2 Gbobenụru mu nchị.
Bya ẹgwegwa bya agbafụta
mu.
Bụnuru mu agbara-mkpuma,
mu a-gbabajẹ je ezeeru ndzụ;
mbụ ụlo-ezeru-ndzụ,
a-dzọta mu nụ.
3 Eshinu ị bụru mu
agbara-mkpuma; bya
abụru mu ụlo-ezeru-ndzụ;
dunaa mu l'onwongu;
kpọ-ziaru mu ụzo g'ẹpha
ngu apfụru.
4 Nafụta mu l'ọ́nyà ono,
a gbabẹru mu onoya;
kẹle ọo l'ime ngu bẹ mu
gbabarụ je akwachia
ndzụ mu.
5 Mu yeru ngu unme mu l'ẹka.
Gbafụtanu mu; jiko Chipfu,
bụ Chileke, apfụshije ike
l'iphe, i pfuru.
6 Ndu akpọjeru obu yeru

ọla-l'iswi ono, bụ agwa
adụjekwa mu ashị.
Onye mbẹdua dakoberu
bụkwa Chipfu.
7 Mu ete ẹswa; ẹhu nọdu atsọ
mu ụtso l'i yeru mu obu;
kẹle ị hụmaru iphe-ẹhuka,
mu jeru;
bya amaru lẹ pfụpfupfu shi
egbu mu egbugbu;
8 ọphu i woduru mu ye l'ẹka
ndu ọhogu mu.
Ọ chịa l'i kufutaru mu je edobe
l'ẹka mu nọ tụsaru ẹhu.
9 Jiko Chipfu; phụnuaaru mu
obu-imemini;
kẹle mu nọkwa l'oke
mkpamẹhu.
Mu rawaru ẹkwa-aphụ jasụ mu
nọdu aphụ ragaraga;
tẹme o mekwaaphọ;
ike bvụshikotawa mu.
10 Mu gụ-gbuakwaru onwomu
l'aphụ.
Mu tsụwa ude; kahụ l'ọkpehu.
Ike bvụkotaakwaru mu;
kẹle mu menụkawaru
ẹjo-iphe.
Ọkpu, nọ mu l'ẹhu nọdu
akaẹpho nyẹgenyege
eje.
11 Ikpoto ndu achị mu lẹ njọ
mewaru; mu bụru onye

ndu obutobu mu akpọ
ẹbo l'afụ.
Ndu mu l'ẹphe eshi ọ̀nyà bẹ
atsụchawa mu ebvu.
Iphe, bụ ndu hụmaru mu
lẹ gbororo anọduje
agbaru mu ọso.
12 Ẹphe tụko zọhaa mu
g'aazọhaje onye
nwụhuru anwụhu-a;
mbụ lẹ mu dụwaa g'ite,
tụkposhihuru
atụkposhihu.
13 Kẹle mu nụmawaru nvu
azụ, ikpoto nemadzụ
anọduje evu mu.
Nta-a ta adụdu ẹka mu nọ gẹ
ndzụ ta anọdu agụ mu.
Ẹphe anọduje achịru mu
ẹjo idzu.
Iphe, ẹphe tụberu bụ g'ẹphe
wofu ndzụ mu.
14 Obenu l'ọo ngu bẹ mu
dakoberu gụbe Chipfu.
Mu epfu l'ọo ngu bụ Chileke
mu!
15 Gẹ mu a-nọ-beru l'eliphe-a
bụ ngu bẹ ọ dụ l'ẹka.
Nafụtanu mu l'ẹka ndu ọhogu
mu; mẹ l'ẹka ndu achị
mu nụ.
16 Lenaa mụbe onye-ozi ngu
ẹnya-ọma!

Guderọ n-yemobu ngu dzọo
mu!
17 Jiko Chipfu; b'ekwekwa g'e
kpua mu iphu lẹ ntụ;
kẹle mu chikuwaru ngu lẹ
mkpu.
Ọo ndu ẹjo-iphe ono bẹ
ee-kpuchia iphu lẹ ntụ;
g'ọnu je a-bụru phẹ
kpụrukudukuu
l'alị-maa.
18 G'ọnu ono, ẹphe gude adzụ
orotophomu ono bụru
phẹ kpụrukudukuu;
kẹle ẹphe egudeje eku
onwophẹ; waa akpọ
nemadzụ ẹbo l'afụ;
epfubyishi ndu
pfụberekoto.
19 Lewarọ g'adụ ree ngu habe
shii;
mbụ ree ono, i doberu
ndu atsụ ngu ebvu ono.
Ọ bụru l'iphu ụnwu-eliphe
bẹ ịi-pfụru;
meeru ndu gbabarụ l'ime
ngu; ezeru ndzụ ree ono.
20 Iiwojeru phẹ domia lẹ
mgboru ẹka ị nọ; g'ẹjo
idzu, ụnwu-eliphe chịru
ta vụ l'ẹhu phẹ.
Ọ bụru l'ibe ngu bẹ
iidobeje phẹ; gẹ njọ

opfu te erwu phẹ l'ẹhu.
21 G'e tua Chipfu ẹpha;
kẹle o goshiru mu n-yemobu
iya, dụ biribiri
teke mu nọ lẹ mkpụkpu,
ọhogu nọ-pheru
mgburugburu.
22 Mu chia mkpu sụ: “Ephuhu
mu l'iphu ngu-o!”
Ị nụmaele-a mkpu, mu
chikuru ngu; bya agbaarụ
mu mkpu.
23 Unu yee Chipfu obu;
unubẹ ndu dụru iya nsọ
g'unu haa;
lẹ ndu Chipfu eleta ẹnya
bụkwa ndu apfụshije
ike l'iphe, ẹphe pfuru.
Obenu lẹ ndu eku onwophẹ
bẹ ọopfuje ụgwo iphe,
ẹphe eme pfurwua phẹ
iya l'ishi.
24 Unu shihukpọepho
ike gude ẹka l'obu;
unubẹ ndu daru ngabẹru
Chipfu!

# 32

*Ẹ́vù, Dévidi kwarụ*

1 Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ onye
Chileke gụru nvụ l'emeswe,
o mesweru iya;

mbụ onye Chipfu safụru
iphe-ẹji iya.
2 Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ onye
Chipfu ta agụkoeduru
ẹjo-iphe, o meru;
mbụ onye te nwedu ẹregede,
dụ iya l'ẹhu.
3 Teke mu shi nọdu
nggujinggụji bẹ ọkpu,
nọ mu l'ẹhu shiẹpho tsua
gworigwori.
Ọ bụru iphe, kparụ iya nụ bụ
ude, mu shi anọduje
atsụ mbọku-mbọku.
4 Kẹle eswe l'ẹnyashi bẹ
ịinoduje ada mu ẹka
l'ẹhu.
I shi ẹgube ono mịchatachaa
nwike, dụ mu nụ g'onye
ụguru guderu.
5 Tọbudu iya bụ; mu bya emee
g'ị maru iphe-ẹji, mu meru;
ọphu ọ dụdu ẹjo-iphe,
mu meru, dụru ọphu mu
domiru ngu edomi.
Mu sụ lẹ mu e-woẹrupho
atụpya, mu tụpyaru
Chileke kọshiaru iya.
E mechaa; ị bya agụaru mu
nvụ l'ẹjo-iphe, mu meshiru.
6 Ọo ya bụ; g'iphe, bụkpoo ndu
eme iphe, dụ gụbe
Chileke ree pfujeru nụ ngu

teke ẹphe nọ lẹ mkpa;
g'ọo-bụru teke Eze
Ẹnyimu iphe-ẹhuka ono
byaẹrupho g'utso;
o too rwudu phẹ l'ẹhu.
7 Ọo ngu bụ ẹka mu agbajẹru
je edomia onwomu.
Ọ bụru ngu a-nọdu eleta mu
ẹnya g'iphe-ẹhuka ta
adapfuta mu;
gude ebvu, e gude atụ
okoo gbaa mu
mgburugburu.
8 Ọo mu a-nọdu atụ-ziru ngu
ẹka; ezikwa ngu phọ ụzo,
ịi-nọdu eshi.
Mu a-nọduru ngu lẹ mgbazi;
eletakwa ngu phọ ẹnya.
9 Ba adụkwa g'ịnya;
ọzoo g'ịnya-mulu;
kẹle ẹphe ta amadụ
onwophẹ ẹkicha.
Iphe, eegudeje agọ phẹ bụ
agadagba waa odogoro.
I -medụru iya nno;
ị tịi gọtadu phẹ.
10 Ndu ẹjo-iphe anọduje
eje iphe-ẹhuka, dụ igwerigwe!
Obenu l'onye dakoberu
Chipfu bẹ n-yemobu
iya anọ-pheje
mgburugburu.
11 G'iphe, Chipfu anọduje eme

mee g'ẹhu tsọo unu
ụtso;
tẹme unu etekwaphọ
ẹswa;
unubẹ ndu pfụberekoto!
Unu gụa ebvu ẹhu-ụtso;
unubẹ ndu obu
gụru ìphóró!

# 33

1 Unu gụa ebvu ẹhu-ụtso nụ
Chipfu; unubẹ ndu
pfụberekoto!
Ọ gbaru gẹ ndu obu phẹ gụru
ìphóró jajẹ iya ajaja.
2 Unu kpọo une gude kele
Chipfu ekele!
Unu gude ogumogu gụa ebvu
gude tua ya ẹpha!
3 Unu gụa ebvu ọ̀phúú nụ iya!
Unu kụa ya k'ẹrengete;
unu agbọoru iya ọgboo!
4 Kẹle Opfu Chipfu pfụru
nhamụnha.
Ọ bụru o-me-g'o-pfuru
l'iphemiphe, oome ememe.
5 Iphe, adụje Chipfu ree
bụ ikpe, pfụru nhamụnha;
mẹ iphe, pfụru ọto.
N-yemobu Chipfu jiru
mgboko bushihu.
6 Ọo opfu-ọnu bẹ Chipfu gude
mee igwe.

Ọ bụru unme, ọ tụru atụtu
bẹ o gude mee iphemiphe,
nọkota iya nụ.
7 Ọ bya azakọbe mini,
nọ l'ẹnyimu l'ẹka lanụ;
ọ dọru nyịmunyimu.
Eze-ẹnyimu bẹ ọ kpachaaru
oke ẹka oo-jeberu.
8 G'eliphe l'ophu tsụje Chipfu
ebvu.
G'iphe, bụkpoo ndu nọ lẹ
mgboko mgburugburu
yejeru iya nsọ;
9 kẹle o pfuru opfu;
mgboko l'ophu dụ.
Ọ tụru ekemu; iphemiphe
dụkota.
10 Chipfu emeje g'ìdzù,
ọhamoha chịru
bụru iphe-mmanụ.
Iphe, ndiphe tụberu k'ememe
bẹ ọokposhije.
11 Obenu l'ìdzù ọphu Chipfu
chịru l'adụje g'ọ chịru iya;
jasụ l'ojejoje.
Iphe, ọ tụberu k'ememe bẹ
oomeje; l'o shi l'ọgbo
sweru ọgbo.
12 Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ ọha ono,
bụ Chipfu bụ Chileke phẹ;
mbụ ndu ọ họtaru;
ẹphe bụru okiphe nkiya.
13 Chipfu anọduje l'imigwe lee

ẹnya l'eliphe-a hụmakota
ụnwu-eliphe l'ophu.
14 Ọonoduje l'ẹka o bu l'imigwe
hụmakota ndu bu lẹ
mgboko g'ẹphe ha.
15 Ọo yẹbedua meru ọriri nụ phẹ;
tẹme iphemiphe,
ẹphe emekọta nọdu edoje
iya ẹnya.
16 Eze ta alwụjedu ọgu lwụta;
opfu l'ọo l'ọ chị
igwerigwe ndu ojọgu.
Ọphu onye ike dụ abụdu
ọkpehu iya bẹ
oogudeje nahụ.
17 Ịnya-ọgu bụ iphe-mmanụ;
ọ tọo dzọtadu nemadzụ
l'ẹgu ọgu.
G'ike adụhabekwa iya;
ọ tọo dzọdu ndzụ.
18 Obenu lẹ-a; ẹnya Chipfu
dụkwa l'ẹhu ndu atsụ
iya ebvu; mbụ ndu ono,
daru ngabẹru n-yemobu
iya;
19 k'ọphu ọo-nafụta phẹ l'ọnu
ọnwu;
dobe phẹ ndzụ mẹ ẹgu
nọdu eme.
20 Anyi adajẹ ngabẹru Chipfu;
kẹle ọo ya bụ onye eyejeru
anyi ẹka; bya abụru onye
egbobutajẹ anyi.

21 Oomeje g'obu tsọo anyi ụtso;
kẹle ọo ẹpha iya, dụ nsọ bẹ
anyi dakoberu.
22 Gụbe Chipfu; jiko goshinụ l'i
yeru anyi obu;
eshinu ọ bụ ngu bẹ anyi
daru ngabẹru.

# 34

*Ebvu, Dévidi deru teke*
*o meaharu g'onye ọbvu*
*eme l'iphu Abimẹleku;*
*Abimẹleku chịfu iya*

1 Mu anọduje etu Chipfu ẹpha
tekenteke.
Ọ tọ dụdu teke mu byaru
ajabuhu iya ajaja.
2 Ọo Chipfu bẹ mu gude eku
onwomu.
Ndu aakpa ẹhu -nụmae ya
phọ; ẹhu atsọo phẹ ụtso.
3 Bya gẹ mu lẹ ngu tụko tụa
ọnu Chipfu l'ọ parụ ẹka.
G'anyi tụko kutsee ẹpha iya.
4 Mu rakuru Chipfu; ọ za mu
ẹnu; bya emee; ndzụ
gụ-buhu mu.
5 Ndu ele ẹnya iya bẹ aa-nwụja
ọnu-ọchi; ọphu ọ dụdu teke
iphere bya eme phẹ.
6 Mụbe onye adụdu g'ọ dụ mu
chiru mkpu;
Chipfu zaa mu ẹnu;

bya adzọtakota mu l'iphe-ẹhuka,
mu eje g'ọ ha.
7 Ojozi-imigwe kẹ Chipfu
anọ-pheje ndu atsụ Chipfu
ebvu mgburugburu.
Ọonoduje adzọ phẹ tekenteke.
8 Unu byanụ g'unu lẹ Chipfu
megbabẹ iphe g'unu
ahuma l'ọ dụ ree.
Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ ndu
gbabarụ iya l'ẹka je
ezeeru ndzụ.
9 Unu tsụje Chipfu ebvu;
unubẹ ndu dụru iya nsọ;
lẹ ndu atsụ iya ebvu
ta adụkwa iphe, ụko iya
adụjeru phẹ.
10 Ụnwu oduma nwechaaru
mkpa; tẹme ẹgu nọdu
agụjechaa phẹ;
obenu lẹ ndu achọ Chipfu
bẹ ụko iphe-ọma ta
abyadụ adụru.
11 Unu byaẹdu unubẹ
ụnwegirima; bya angabẹru
mu nchị;
gẹ mu zia unu g'aatsụje
Chipfu ebvu.
12 ?Bụ onye bẹ ọ dụ g'asụ lẹ
ndzụ iya e-tse ogologo;
tẹme ọ dụkwa iya phọ
g'asụ lẹ mbọku-mbọku
a-bụjeru iya k'ọma?

13 G'onye ono hakwa epfu
njọ-opfu;
hakwaphọ aghọ ụgho.
14 Gbakụtaru eme ẹjo-ememe
azụ; watachia eme iphe,
dụ ree.
Kukebeje ẹhu chọo iphe,
e-me gẹ nchị dụ doo.
Ị -chọta iya; ta tụ-wokwa
iya ẹka ememe.
15 Chipfu anọduje eleta ndu
pfụberekoto ẹnya.
Ọ nọdu egbobeje nchị
nụma olu phẹ m'ẹphe
raku iya.
16 Obenu lẹ ndu eme
ẹjo-ememe bẹ
ọogbanwubejeru iphu;
bya emee; ẹphe anwụhu
chịhu lẹ mgboko.
17 Ndu pfụberekoto abụjeru;
ẹphe -raku Chipfu;
l'ọ za phẹ ẹnu;
bya anafụta phẹ l'iphe-ẹhuka,
ẹphe eje g'ọ ha.
18 Chipfu anọ-kubeje ndu mee
ala l'opfuru.
Ndu eswe bụ ẹnyashi bẹ
ọodzofutaje.
19 Onye pfụberekoto ejeje
iphe-ẹhuka, dụ igwerigwe;
obenu lẹ Chipfu
anafụtakotaje iya l'iphe-ẹhuka

ono g'ọ hakọta.
20 Ọkpu, nọ iya l'ẹhu
bẹ ọo-nwụbejeru ẹnya;
g'ọ tọ dụ mẹ nanụ, aa-kụ-ji
akụ-ji.
21 Obenu l'onye ẹjo-iphe,
bụ ẹjo-ememe iya ono
e-gbu iya.
Ndu kpọru ndu pfụberekoto
ashị bẹ aa-nmaa ikpe.
22 Chipfu agbafụtaje ndu ejeru
iya ozi;
ọphu ọ dụdu onye gbabarụ
l'ime iya je anọdu zee
ndzụ,
a bya anma
ikpe m'onye lanụ.

# 35

*Ebvu, Dévidi deru*
1 Gụbe Chipfu; ndu etso mu
opfu bụkwa ngu
e-tsolata phẹ!
Ndu ọphu etso mu ọgu
bụkwapho gụbedua
e-je etsolata phẹ!
2 Gbalihu; chịta ngwọgu;
waa
iphe-mgbobuta-ọgu
ngu;
bya egude gbaaru mu
mkpu!
3 Palia arwa ngu;

gude kwachia ndu achị mu
lẹ njọ ụzo!
Sụnu mu l'ịi-dzọ mu-a!
4 Gẹ ndu achọ ụzo, ẹphe e-shi
gbua mu bụru ndu e
meru iphe-iphere.
G'a chiphukwa ndu achịru
mu ẹjo idzu azụ.
G'a tụ phẹ ẹberebete!
5 G'ẹphe dụ g'ẹswa ereshi,
phẹrephere zikashịru teke
ojozi-imigwe Chipfu
a-nọdu achị phẹ ọso.
6 G'ụzo phẹ gbakọtakwa
ọchii;
chikwaphọ kẹ
bụrukutuku
teke Ojozi-imigwe Chipfu
a-nọdu achị phẹ
ịkpabaka.
7 Eshinu ọ dụdu iphe, mu meru
phẹ; ẹphe je agbabẹru
mu ọ́nyà;
bya eworu nsụ bua gẹ mu
nwulahụ;
8 g'ọla-l'iswi tụkwaa phẹ
l'ụpfu.
G'ọ́nyà, ẹphe gbabẹru
l'onwophẹ nmatakwaa
phẹ.
G'ẹphe nwudakpọe ya phọ kẹ
wurukutukumu.
9 Ọo ya bụ gẹ mu etee ẹswa

l'ime Chipfu.
Ẹhu atsọahaa mu l'ọ dzọtaru
mu.
10 Mu e-gudekpọo obu mu g'ọ
ha sụ:
“?Bụ onye atụru gụbe Chipfu?
Ọo ngu adzọtaje ndu ụkpa
l'ẹka ndu ka phẹ
ọkpehu.
Mbụ l'ịinafutaje ndu ụkpa;
waa ndu adụdu g'ọ dụ
phẹ l'ẹka ndu ana phẹ
nfụ.”
11 Ndu ẹjo-ekebe wulihuru ebo
mu ibo.
Ẹphe chịkoo iphe, mu amadụ
kụbe sụ l'ọo mu bẹ o
shi l'ẹka.
12 Ẹphe gude ẹjo-ememe pfụa
mu ụgwo iphe-ọma.
Ọo ya bụ lẹ mu dụwaa g'onye
a tọgboru nwa maa.
13 Obenu lẹ teke iphe-ememe shi
zụu phẹ bẹ mu wotaru
uwe-aphụ yee;
bya ewoze onwomu alị aswị
ẹgu epfu anụ Chipfu;
ọle Chipfu ta anụmaduru
olu mu.
14 Mu nọdu aghaphe egbu
onwomu egbugbu
l'ẹkwa g'ọ bụ ọ̀nyà mu;
ọzoo nwune mu bẹ
iphe-ememe zụpyaberu.

Mu nọdukpoo dẹe ẹka l'agba
g'onye akwa ẹkwa ne iya,
nwụhuru nụ.
15 Obenu l'opfu dụru mbẹdua;
ẹphe gude ẹhu-ụtso
dzukọbe.
Ẹphe swiphee mu
mgburugburu tsua
mu iphe teke mu
akwabẹduru ẹnya;
bya egude njọ-opfu
alabushi anụ mu nanụ
nanụ.
16 Ndu gudewaa echi ndu ọzo
eswe merwushia
onwophẹ l'iphu Chipfu;
nọdu atagbaru mu ikireze
kẹ nyịkinyiki.
17 Gụbe Chipfu; ?bụ teke ole bẹ
ii-jipyaberu onwongu
elekpọepho anyi ẹnya?
Dzọnaa mu; a -nọnya ẹphe
mee mu; mu bụru
ọla-l'iswi!
Dzọtaro mkpakọ iphe ono,
mu nweru ono, bụ ndzụ
mu g'oduma ta
adzụgbu iya!
18 Ọ bụru l'ẹka ọha l'ophu
dzukọberu bẹ mu
a-nọdu kele ngu ekele;
mbụ lẹ mu a-nọdu l'iphu
ikpoto nemadzụ jaa

ngu ajaja.
19 B'ekwekwa gẹ ndu ọhogu mu
teru ẹswa kpua mu;
mbụ ndu kpọru mu ashị;
ẹbe adụ iphe, mu
meru phẹ.
Ọphu i kwekwa gẹ ndu ono,
mu dụ ashị ono bvua mu
ẹnya ria.
20 Kẹle ẹphe te epfujedu opfu
nchị-adụ-doo;
obenu l'iphe, abụjeru ozi,
dụru phẹ nụ bụ achị idzu
g'ẹphe e-shi ghọoru ndu dụ
àgù lẹ mkpụkpu ụgho.
21 Ẹphe sarụ ọnu galaba wata
mu ebo ibo sụ:
“Ee! Anyi gudekpọo ẹnya
anyi hụma iphe,
i meru!”
22 Ọle gụbe Chipfu hụmanuru-a
iphemiphe ono.
Jiko ba agbakwa mu nkụchi
ọphu ị nọdukwa
mu ụzenya!
23 Tehu etehu; kwolihurọ bya
ahaaru mu enge!
Gbaaru mu ọdzori;
jiko Nnajịụphu mu,
bụ Chileke mu!
24 Gude apfụbekoto nkengu
haarụ mu rọ enge; jiko
Chipfu, bụ Chileke mu!

Te kwekwa g'ẹphe teru ẹswa
kpua mu!
25 Te kwekwa g'ẹphe rịa l'obu
phẹ sụ:
“Nta bẹ anyi chọ-vuwaru iphe,
anyi achọ!”
Ọzoo g'ẹphe sụ: “Nta-a bẹ
anyi patawaru
iya lwee!”
26 G'iphe, bụkpoo ndu ete ẹswa
ekpu ẹjo-iphe, byaru
mu nụ bụkwaru ndu ee-meru
iphere kpua bya atụ
phẹ ẹberebete.
G'e gudekwa iphere dejia phẹ
ẹpho; mbụ ndu ono,
etu onwophẹ
ọphushugbu eje abyapfuta
mu ono!
27 Gẹ ndu ele ẹnya g'a haarụ
mu enge gụa ebvu ẹhu-ụtso
tee ẹswa!
G'iphe, ẹphe a-kpụjeru l'ọnu
bụekwarupho: “G'a tụa
ọnu Chipfu l'ọ parụ ẹka;
mbụ onye ọoduje ree mẹ
onye-ozi iya nọdu buru
l'ẹhu-guu.”
28 Ọo ya bụ; mu egude ọnu
mu pfua
k'apfụbekoto nkengu.
Ọ bụkwarupho gẹ mu
a-nọdu etu ngu ẹpha

mbọku-mbọku
bụ onoya.

# 36

*Ebvu, Dévidi, bụ onye ejeru Chipfu ozi deru nụ onye-ishi ebvu*

1 Ọo umere ndu ẹjo-iphe eme
emeje gẹ mu pfua l'ime
obu mu sụ l'ẹphe
ta atsụkpodaa
Chileke ebvu atsụtsu
ophu.
2 Kẹle ọonoduje aja onwiya
ajaja; mbụ jataberu
onwiya
k'ọphu bụ l'ọ tọo hụmajedu
ẹjo-iphe, oome;
k'ọphu ọo-kpọ iya ashị.
3 Opfu, eshije iya l'ọnu
bụkotaepho ẹjo opfu;
waa aghọ ụgho;
ọphu oomejeẹdu
g'onye kwarụ ẹnya;
ọphu oomekwaphọ iphe,
dụ ree.
4 Ọ zẹwaa l'iphe-azẹe ya
rịkobe iphe-ẹji, oo-me.
Ọo ẹpho l'ụzo, apfụduru-ọto
bẹ ọopfujeru;
ọphu ọ dụdu iphe, dụ ẹji,
ọojikaje ememe.
5 Gụbe Chipfu; n-yemobu

nkengu tụkokwaru
igwe l'ophu vọo
pfurupfuru.
O-me-g'o pfuru, ị bụ
rwucharu akpaminigwe.
6 Apfụbekoto nkengu nọdu
etse rịgorigo g'úbvú,
parụ ẹka apaa.
Ikpe nkengu dụ wukirima
g'eze ẹnyimu-ime-alị.
Gụbe Chipfu; ọo ngu tụkoru
anụ, bu l'ẹgbudu yẹle
nemadzụ dobe ndzụ.
7 Lewarọ gẹ n-yemobu ngu
bụ-be iphe, vu oke-aswa!
Ọo iphe ono meru g'o gude
ụnwu-eliphe gbaba lẹ
mkpula oke ǹkù ngu
je anọdu ezeru ndzụ.
8 Ẹphe anọduje l'ụlo ngu eri
gwọogwoo lẹ nri,
kụru iya nụ;
tẹme ị nọdu emeje g'ẹphe
ngụa mini l'ẹnyimu
ẹhu-ụtso nkengu.
9 Kẹle ọo l'ẹka ị nọ bẹ ndzụ
futaru.
Ọ bụru l'ẹka ìphóró nkengu
nọ bẹ anyi a-nọdu
hụma ìphóró.
10 Jiko yekpọekwapho ndu
maru ngu nụ obu g'i
yeru phẹ iya;

L'ị pfụbekpoekwapho ẹka
ngu ọto g'ị pfụberu
iya l'ẹhu ndu obu phẹ
gụru ìphóró.
11 B'ekwekwa gẹ ndu eku
onwophẹ zọ-sweta mu ọkpa;
ọphu i kwekwa gẹ ndu
ẹjo-iphe gude ẹka phẹ
nwufu mu.
12 Hụmawaro g'a wụshiru
ndu anọduje eme iphe,
adụdu ree;
ẹphe dabyigbaaru;
ọphu ẹphe abyadụ
agbẹshibaa agbẹshi.

# 37

*Ebvu, Dévidi deru*

1 G'ọnodu ndu eme ẹjo-ememe
te eghujekwa ngu eghu;
ọphu i kojekwaru ndu
apfụbeduru ẹka ọto
okophoo.
2 Kẹle ọ tọ dụkwa
g'aa-nọ-beru; ẹphe
anwụlwashihu g'ẹswa;
tẹme ọphu ọ dụkwapho
g'aa-nọ-beru;
ẹphe akpọshihu nkụ
g'irwu oshi.
3 Dakobe Chipfu; meje iphe,
dụ ree!
Buru l'alị ono bụru

o-me-g'o-pfuru!
4 Nọdukwa Chipfu l'ẹka tee
ẹswa;
g'ọo-nụkwanu ngu iphe,
bụ iphe, agụ ngu nụ.
5 Woru iphemiphe, iime
ememe ye Chipfu l'ẹka.
Dakobe iya; l'oo-meru ngu
iya.
6 Oo-me g'apfụbekoto nkengu
nwua kẹ phoo g'ìphóró;
mbụ lẹ Chipfu a-harụ
ngu enge;
mee g'iswi-ọdu-mma
nkengu gbua kẹ nwịinwii
g'ẹnyanwu.
7 Zẹkpoepho kụpya l'ẹka
Chipfu; taa nshi kwabẹru
iya.
G'ẹhu te eghukwa ngu
eghu teke iphemiphe,
ndu ẹjo-iphe eme
ejehuru phẹ;
mbụ teke ẹjo-idzu, ẹphe achị
anọduje eje g'ẹphe chịru iya.
8 G'ẹhu te eghujekwa ngu eghu;
ọphu ị vọjekwaru ọku
wụa ẹhu.
G'ẹhu te eghujekwa ngu eghu;
anọnya i mee ẹjo-iphe.
9 Kẹle ndu anọduje eme
ẹjo-ememe bẹ ee-me
g'ẹphe chịhu; obenu

l'ọo ndu daru ngabẹru
Chipfu bẹ e-nweru
mgboko.
10 Ọ tọ dụdu g'ọo-nọ-beru
l'e mee gẹ ndu ẹjo-iphe
ta adụhe.
Ii-le ẹnya phẹ; ọle ị tịi
hụmaedu phẹ.
11 Ọo ndu dụ àgù bẹ mgboko-a
a-bụru nkephẹ;
tẹme ẹphe enweru ẹhu-guu;
nweru iya k'etsutsu iya.
12 Ndu ẹjo-iphe achị ẹjo
idzu edoberu ndu
pfụberekoto;
ataru phẹ ikireze kẹ
nyịkinyiki.
13 Ọlobuele-a ọchi bẹ Chipfu
achị phẹ;
kẹle o maru lẹ teke
ee-mebyishi phẹ l'abya-a.
14 Ndu ẹjo-iphe mịtaru ogu-echi
phẹ; g'ẹphe gbushia
ndu ụzo phẹ pfụru
nhamụnha;
bya eseta apfụ phẹ kẹ kịkiki
g'ẹphe gbatsushia ndu
ụkpa waa ndu adụdu
g'ọ dụ phẹ.
15 Obenu l'ogu-echi phẹ
ono e-mechaa nmabaa
phẹ ẹpho;
l'a nata phẹ apfụ phẹ

ono nyakwoshia.
16 Nwiphe, abadu ishi,
ndu pfụberekoto nweru
bẹ kakwa ree eme l'ẹku,
ndu ẹjo-iphe dụ igwerigwe
kpaa kụbe.
17 Kẹle ndu ẹjo-iphe bẹ aa-nafụ
iphe, ẹphe gude eme ike;
obenu lẹ ndu pfụberekoto
bẹ Chipfu bụ agbarike phẹ.
18 Chipfu maru gẹ ndu ụta
adụdu l'ẹhu a-nọ-beru.
Okiphe phẹ a-nọ jasụ lẹ
tuutuutuu lẹ mịimiimii.
19 Teke eeje iphe-ẹhuka;
bẹ a ta abyadụ ekpu phẹ
iphu lẹ ntụ;
tẹme ọkpa nri -byaẹpho;
nri adụele phẹ-a
shingushingu.
20 Obenu lẹ ndu ẹjo-iphe
a-bụru mkpurupyata.
Ndu ọhogu Chipfu
e-phekashịhu nanụ nanụ
g'okoko, nọ l'ẹgu.
Ẹphe e-phukashịhu
g'ẹnwuru-ọku.
21 Ndu ẹjo-iphe abụjeru;
ẹphe -jita ụgwo ẹphe
eria ya.
Obenu lẹ ndu pfụberekoto
bẹ anọduje emeru
ndiphe iphe-ọma.

22 Ọo ndu Chipfu gọru
ọnu-ọma nụ e-nweru mgboko-a;
obenu lẹ ndu ọ tụkwanuru
ọnu bẹ a-chịhu nụ.
23 Ọo Chipfu anọduje akpọ-ziru
nemadzụ ụzo g'oo-gudeje
aha ọkpa; mee onye ono
g'ọ ngụru angụru;
mbụ onye eme iphe,
dụ Chipfu ree.
24 Ụpfu -dụkpoo ya nụ;
ọ tọo darwudu alị;
kẹle ọo Chipfu gude ẹka
iya agbata iya ike.
25 Mu shikwa teke mu bụ nwata
nọwaa jasụ mu bụru
ọgerenya nta-a;
ọle mu teke ahụma-swee
ẹka Chipfu gbadoru
onye pfụberekoto;
ọzoo ẹka ụnwu iya
arwọ nri.
26 Onye pfụberekoto anọduje eme
iphe-ọma tekenteke; ọ nọdu
ejieje nemadzụ ụgwo.
Ee-shi l'ẹhu ụnwu iya kebe
ndu ọzo l'ọma.
27 Gbakụtaru eme ẹjo-ememe azụ;
watachia eme iphe, dụ ree;
g'iiburu l'alị-a jasụ l'ojejoje.
28 Chipfu bẹ ọ dụ ree
g'ụnwu-eliphe kpeje ikpe,
pfụru nhamụnha;

ọphu ọ hajẹdu ndu yeru iya
obu ẹka.
Ọokwa-chije phẹ akwachi
jasụ l'ojejoje;
obenu l'awa ndu ẹjo-iphe
bẹ oo-me g'ẹphe chịhu.
29 Ndu pfụberekoto e-mechaa
nweru alị-a;
buru iya jasụ lẹ tuutuutuu
lẹ mịimiimii.
30 Opfu, eshije onye pfụberekoto
l'ọnu fụta bụ mmamiphe.
Ire iya bụru iphe, adụje iya
nụ bụ epfu iphe,
pfụru ọto.
31 Iphe, adụje iya l'obu
tekenteke bụ ekemu
Chileke;
ọphu ọ haswejedu ọkpa
l'ememe iya.
32 Ndu ẹjo-iphe ejeje ewoha
onwophẹ kwabẹru ndu
pfụberekoto;
g'ee-shi g'ọ bụru ẹphe
-ghatashia;
ẹphe egbua phẹ.
33 Obenu lẹ Chipfu te ekwejedu
g'ẹphe daba phẹ l'ẹka;
ọphu a byadu anma ndu
pfụberekoto ikpe;
mẹ a kpụru phẹ bya
l'ụlo-ikpe.
34 Nọdukpoepho kwabẹru

Chipfu; tsoje ụzo iya!
Ọo ya e-kutse ngu mee
ngu l'i nworu alị-a.
Ii-gude ẹnya ngu hụma
teke ee-me gẹ ndu
ẹjo-iphe chịhu.
35 Mu hụmajewaru onye bụ
onye ẹjo-iphe.
Ọ dụkpoepho g'oshi,
ẹhu dụ guu, jaru dụ
kẹ kpuchi.
36 Obenu l'ọ tọ dụdu g'a
nọ-beru ọphu ọ dụedu.
Mu chọo ya nta chọo imo;
ọphu mu
ahụmaeduru iya;
37 Lenaa ndu ụta adụdu
l'ẹhu ẹnya;
mbụ-a; gbunaa ndu obu
phẹ gụru ìphóró igo;
hụma lẹ ndu eme gẹ nchị
dụ doo bẹ anọduje
eje l'iphu l'iphu.
38 Obenu lẹ ndu emeswe
Chipfu bẹ aa-tụkoepho
mebyishia.
Iphe, bụkpoo oshilọkpa
ndu ẹjo-iphe bẹ
ee-me g'ẹphe chịhu.
39 Ọo Chipfu adzọtaje ndu
pfụberekoto.
Ọo ya abụjeru agbarike phẹ
m'ẹphe nọdu eje

iphe-ẹhuka.
40 Mbụ lẹ Chipfu eyejeru phẹ
ẹka nafụta phẹ.
Ọonafutaje phẹ l'ẹka
ndu ẹjo-iphe;
shi nno dzọo phẹ;
kẹle ẹphe gbabarụ l'ime
iya je ezeru ndzụ.

# 38

*Ebvu-ọma, Dévidi gụru gude nyatarụ Chipfu iphe*

1 Gụbe Chipfu; te egudekwa
ẹhu-eghu ngu baarụ
mu mba!
Ọphu i gudekwa oke ẹhu-eghu
ngu hụ̀a mu ahụ̀hù!
2 Kẹle apfụ nkengu guẹkwaru
mu phọ eguru l'ẹhu;
tẹme ẹka ngu nọdu
apyịpyashi mu apyịpyashi.
3 Ẹhu-eghu ngu meru;
ọphu ẹhu mu l'ophu
enwedu ẹka te emedu
mu ẹhuka.
Iphe-ẹji, mu meru ngu
woẹrupho ọkpu mu
gbaghashịa.
4 Kẹle ẹjo-iphe, mu meshiru
ripyabewaru mu.
Ọ nọdu anyịtaberu ẹrwa
k'ọphu mu adụedu ike
evuvu iya.

5 Onwo, aba mu nụ
eshiwaa tụkuruba.
Ọ bụru iphe, kparụ iya nụ
bụ eswe, mu meru.
6 Mu nọwa kpọyoo dẹe ẹka
l'agba gụkota aphụ
mkpụrumkpuru.
7 Okpurukpu kwatakpọo
emeshi mu ẹhuka ike;
mbụ l'ọ tọ dụdu ẹka ẹhu te
emedu mu ẹhuka mẹ nanụ.
8 Ẹhu mu l'ophu dahuwaru
adzụlakpa;
tẹme obu mu tsukọtawa
gworigwori.
Obu te ebvuduru mu
ebvuru k'ọphu bụ lẹ
mu atsụshi ude ike.
9 Gụbe Chipfu; iphe bụkpoo
iphe, agụ mu nụ bẹ ị
makọtaru.
Ude, mu atsụ bẹ e te
emeduru ngu lẹ mpya.
10 Obu etsu mu gbudugbudu;
ọphu ike adụkpoedu
mu ililekpọo.
Mu nọdu aphụwaa ragaraga.
11 Ndu yeru mu obu;
yẹe ndu mu l'ẹphe eshi
ọ̀nyà bufuwaru
mu iche.
Ọ bụru iphe-ẹhuka, dapfutaru
mu nụ kparụ iya.
Ndu mu l'ẹphe bụ abụbu je

apfụchaaru ụzenya.
12 Ndu achọ ụzo, ẹphe e-shi
gbua mu woru ọ́nyà
gbakarụ mu.
Ndu tụberu g'ẹphe meka mu
iphe nọdu anmarụ
mu ọnwu.
Ọo ẹpho idzu g'ẹphe
e-shi ghọoru mu ụgho
bẹ ẹphe anọduje achị
eswe l'ẹnyashi.
13 Mbẹdua dụkwa g'onye ada
nkụchi;
k'ọphu bụ l'ọ tọ dụdu iphe,
mu anụmaje.
Mu dụkwapho g'onye
ete epfudu opfu;
woẹrupho ọnu mu
dobe doo.
14 Mu dụwaa g'onye eepfu opfu
eyeru; ọphu o yedu ọnu;
kẹle ọ tọ dụdu iphe, eepfu,
mu nụmaru.
15 Obenu l'obu mu daru
ngabẹru gụbe Chipfu.
Ọ bụru gụbe Nnajịuphu,
bụ Chileke mu bẹ a-za
mu oku, mu eku ngu.
16 Mu sụru-a: “B'ekwekwa
g'ẹphe teru ẹswa
kpua mu!
Nta-a, ọkpa chiswafuru mu-a
bẹ ẹphe tụkowaru etu
onwophẹ ọphushugbu.”

17 Kẹle mu anga anganga;
tẹme aphụ nọdu ejijeẹ mu
phọ obu tekenteke.
18 Mu e-pfushi ẹjo-iphe,
mu meshiru ngu.
Iphe-ẹji, mu meru erwukwa
mu phọ l'ẹhu.
19 Obenu lẹ ndu ọhogu mu
dụ igwerigwe ebu jajaja;
tẹme ndu mu dụ ashị
l'ẹbe adụ iphe,
mu meru phẹ pakwaaphọ
igwerigwe.
20 Ndu egudeje iphe, dụ ẹji pfụa
ụgwo iphe-ọma, e meru phẹ
bẹ etso mu opfu;
kẹle mu anọduje achọ iphe,
dụ ree.
21 Ta agwọbekwa mu gụbe Chipfu!
Gụbe Chileke nkemu;
ba nọdukwa mu ụzenya!
22 Bya ẹgwegwa bya eyeru
mu ẹka; gụbe Chipfu,
bụ onye ndzọta mu!

# 39

*Ebvu-ọma, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu, bụ Jiedutunu*

1 Mu sụru lẹ mu a-kwabẹru
ụzo mu ẹnya;
gẹ mu te egude ọnu mu
pfuta ẹjo-iphe.
Ọnu mu bẹ mu akụje ngga;

mẹ ndu ẹjo-iphe
nọ-kube mu.
2 Mu woru ẹka hua l'ọnu
nọ-kirishia;
gẹ mu te epfukpọnu g'ọ ka
mma l'ọo iphe, dụ ree.
Ọle mgburwashị-ẹhu mu
akaẹle-a shii eje.
3 A nọnyaa; obu wahụahaa mu
awahụ;
mbụ mu nọdu rịnyae ya
phọ;
ọ gbanwuhu mu
l'ẹhu g'ọku.
Mu sanaa ọnu wata epfu opfu sụ:
4 Gụbe Chipfu; menaa mu
gẹ mu maru gẹ
mu a-nọ-beru;
gẹ mbọku e-beru mu
anwụhu!
Menaa gẹ mu maru gẹ ndzụ
mu dụ-be mkpirikpu.
5 I meru ndzụ mu; ọ dụ tsọkere.
Gẹ ndzụ mu a-nọ-beru ta
adụdu iphe,
ọ bụ l'iphu ngu.
Nemadzụ l'ophu tụkoerupho
bụru udzu ọnu.
6 Nemadzụ g'ọogha-phe nno
bụepho phẹrephere
mmanụ bẹ ọ bụ.
Kpanga kpanga kpanga,
ọonoduje eme bụepho

g'ọ bụru.
Ọokpaje ẹku kụberu onwiya;
ọle ọ tọ makwanụ onye
e-mechaa ria ya nụ.
7 Nta-a Chipfu; ?bụkpoo gụnu
bẹ mu ele ẹnya iya?
Ọ kwa ngu bẹ mu daru
ngabẹru.
8 Nafụta mu l'emeswe ono,
mu mesweru ngu ono!
Be mekwa mu gẹ mu bụru
onye ndu eswe
e-kweru une!
9 Mu shi woru ẹka hua
l'ọnu nọ-kirishia;
noo kẹle ọo gụbedua bẹ
iphe ono, anwụkotaru
mu nụ ono shi l'ẹka.
10 Hanaa mu echi ẹchachi-a,
iichi mu-a;
kẹle ẹka iichi mu gbaa
gbaa bẹ ike abvụakwa
mu ree.
11 Ị -baarụ nemadzụ mba gude
goshi iya ẹjo-iphe,
oome
bẹ bụepho gẹ nsụ,
asụkashije iphe-a bụ
g'ịi-nọduje asụkashi iphe,
dụ ree, onye ono
nweru.
Nemadzụ g'ẹphe ha
bụkota udzu ọnu bẹ ẹphe bụ.
12 “Nụmanu epfupfu,

mu epfu anụ ngu
gụbe Chipfu!
Ngabẹnu nchị lẹ mkpu,
mu echiku ngu!
Ba gbakwa nkụchi g'ị tị
nụma ẹkwa, mu ara
ekpu ngu!
Kẹle mu bụ onye lwarụ
alwalwa, lwapfutaru
ngu nụ;
ẹgube ono, ndiche
anyi phẹ shikwaphọ
bụru ono.
13 Jiko hafụa mu rọ; k'ọphu
ẹhu a-kabẹ tsọ mu
ụtso ọzo;
tẹme mu alashịwaro maa.”

# 40

*Ebvu-ọma, Dévidi deru*
*nụ onye-ishi ebvu*

1 Mu takpọerupho nshi
kwabẹru Chipfu;
jasụ ọ ngabẹru mu nchị
bya anụma olu mu.
2 Ọ bya ekufuta mu lẹ nsụ,
anyị ishi ẹdzu;
mbụ kufuta mu l'ẹpuchi,
echi ẹturu, mu nọ ono;
bya eworu mu pfụbe
l'eli mkpuma, kpọru gbengu;
mee mu; mu ngụru angụru.
3 Ọ bya eworu ebvu ọ̀phúú

ye mu l'ọnu.
Mu gude ebvu ono wata aja
Chileke anyi ajaja.
Ikpoto nemadzụ a-hụma
iphe, nwụru nụ; ndzụ
erwuta phẹ.
Ẹphe alwaphuta azụ bya
adakobe Chipfu.
4 Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ onye bụ
Chipfu bẹ ọ dakoberu;
ọphu ọ ghadụru ndu eku
onwophẹ iphu; ọphu
ọ bụro kẹ ndu shisweru
ụzo; chịru ụpfu kwẹe
l'iphe, adụdu iphe, ọ bụ.
5 Gụbe Chipfu, bụ Chileke
mu; iphe, dụ biribiri,
i meshiru; waa iphe,
dụ ree, i doberu k'emeru
anyi pakwarụ igwerigwe.
Ọ tọ dụdu onye sụru ngu
iya agụshigburu.
Mu -jeshia ya agụshi
nanụ nanụ bẹ ọ bụ agụta
agụta.
6 Iphe, agụ ngu nụ ta abụkwa
g'a gwajẹ ngu agwagwa;
ọzoo g'e wotaru ngu ngwẹja;
obenu lẹ mbẹdua bẹ ị
hawaru ọkpu nchị.
Ngwẹja-akpọ-ọku; waa
ngwẹja-iphe-ẹji ta adụdu
ọphu jiru ngu ẹpho.

7 Noo ya bụ; mu sụ: “Waa mu
Chileke!
Mu byawaru gẹ mu mee
g'e deru kẹ nkemu lẹ
Ẹkwo Ekemu.
8 Gụbe Chileke mu; iphe,
adụje mu ree bụ gẹ
mu mee iphe, dụ ngu
l'uche.
Ekemu ngu adụjee mu phọ
l'obu tekenteke.”
9 Mu gudewaa ọnu mu raa
k'apfụbekoto ngu
arara l'ẹka ọha l'ophu
dzukọberu.
Gụbe Chipfu; ị mawaru lẹ mu
te edobedu ọnu doo.
10 Mu ta sumiduru apfụbekoto
ngu l'ime obu mu.
Mu epfukashịje l'ị bụ
o-me-g'o-pfuru;
bya abụru onye ndzọta;
ọphu mu ahadụru
epfuru ọha l'ophu g'i
yeberu nemadzụ obu;
tẹme waa l'ị bụ onye
ire-lanụ.
11 Gụbe Chipfu; jiko ba
ahakwa mu aphụru
obu-imemini.
Gẹ n-yemobu waa ire-lanụ
ngu ono chekwaa mu
mkpụrumkpuru!

12 Iphe-ẹhuka, bụ agụta l'ọgu
nọ-phewaru mu
mgburugburu.
Ẹjo-ememe, mu meshiru
ripyabewaru mu;
k'ọphu bụ lẹ mu ta
aphụedu ụzo.
Ọ ka ẹgbushi, dụ mu l'ishi
igwerigwe.
Nta-a bẹ mu amaẹdu gẹ mu
e-me iya.
13 Gụbe Chipfu; jiko dzọnaa mu!
Byanụ ẹgwegwa bya eyeru
mu rọ ẹka; jiko Chipfu!
14 G'iphe, bụ ndu achọ ụzo,
ẹphe e-shi gbua mu
bụkwaru ndu ee-meru
iphere kpua;
g'a tụkwa phẹ ẹberebete.
Chiphunu ndu agbaru mu
ẹjo egomunggo azụ.
G'iphere ji phẹ iphu!
15 G'e meru ujikputeru nụ
ndu ekweru mu hẹe.
16 G'iphe, bụkpoo ndu achọ ngu
nụ bụru ndu ẹhu a-tsọ.
Ẹphe anọdu ngu l'ẹka tee ẹswa.
Gẹ ndu ọ dụ g'a sụ l'ị dzọru
ndzụ bụkwaru iphe,
ẹphe a-kpụru l'ọnu
epfu bụ:
“Unu tụa ọnu Chipfu l'ọ
parụ ẹka!”

17 Obenu lẹ mbẹdua bụ onye
ụkpa bya abụru onye
adụdu g'ọ dụ mu;
ọle Nnajịụphu arịle-a ọriri
ẹhu mu;
mbụ l'ọo gụbe Chileke bụ
onye eyejeru mu ẹka;
bya abụru onye adzọje
mu nụ.
Jiko Chileke nkemu;
b'akpọkwa ụpfu!

# 41

*Ebvu-ọma, Dévidi deru*
*nụ onye-ishi ebvu*

1 Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ onye
anọduje eyeru ndu
ụkpa ẹka;
kẹle Chipfu a-dzọta iya mẹ
ọ -nọdu eje iphe-ẹhuka.
2 Chipfu l'a-kwachi iya;
bya edobe iya ndzụ.
L'ọ bụru onye a gọru ẹhu-ụtso
nụ l'eliphe;
ọphu Chipfu enwuduru
iya eye l'iphe,
agụ ndu ọhogu iya.
3 Chipfu a-gbaru iya mkpu
mẹ ọ zẹe l'ẹhu.
Oo-me iya l'ọ ka mma
l'iphe-ememe,
byapfutaru iya nụ.
4 Mu sụru Chipfu: Phụnaaru

mu obu-imemini.
Mu mewaru ngu iphe-ẹji
gụbe Chipfu;
jiko menaa gẹ mu
wekọrohu.
5 Ndu ọhogu mu anọduje
epfuru mu ẹjo opfu
sụ l'ọ dụ phẹ g'a sụ lẹ
mu nwụhuru;
g'a zọhaa mu l'eliphe-a.
6 Teke nemadzụ byaru mu ajịji;
oopfuru mu opfu,
te erwuduru iya ọhu-ẹpho.
Obenu l'iphe, ọochiko edo
l'obu iya bụ ịkpoki
ntụmatu.
Ọ -lụfuepho l'o jeshia ya
edokashị.
7 Iphe, bụkpoo ndu kpọru mu
ashị anọduje
adzụ-phe taba taba gude
epfutọshi mu.
Ọ bụerupho iphe, bụ iya
kachaa ẹji bẹ ọoduje phẹ
g'o mee mu.
8 Ẹphe asụ: “Tụswekwa! Ọ kwa
ẹjo iphe-ememe eme iya.
Ọ turweakwaru iya k'ọphu ọ
tọo gbẹshibaedu.”
9 Mbụ je akpachaa l'onye
mu l'iya eshi ọkpobe eshishi;
bya abụru onye mu dakoberu;
mbụ l'onye mu l'iya erigbajẹ

nri gbẹchaakwa eme iphe,
a-tsụru mu nụ.
10 Ọlobu gụbe Chipfu;
phụnaaru mu obu-imemini!
Meerọ gẹ mu wekọrohu;
k'ọphu mu a-pfụ phẹ
ụgwo iphe-a, ẹphe eme mu-a.
11 Mu maru lẹ mu dụ ngu l'obu;
kẹle i ti kwedu gẹ ndu
ọhogu mu tụru okoo
kpua mu.
12 Eshinu ụta adụdu mu l'ẹhu bẹ
ị tụru mu gburumu
kuru mu dobe l'atatiphu
ngu gẹ mu nọdu jasụ
l'ojejoje.
13 G'e tua Chipfu ẹpha;
mbụ Chileke kẹ ndu Ízurẹlu;
e -shi lẹ gbururu jeye
lẹ gbururu.
Nokwa g'ọ dụ;
bya abụru g'ọ dụ.

# 42

*Ẹ́vù, a kwarụ nụ onye-ishi*
*ebvu g'ụnwu Kora gụa*

1 Ọo gẹ ne ele anọduje atụ
hẹehee
achọ nggele, asọ
gborogboro g'ọ ngụa mini;
bụkwapho g'obu mu atụ
hẹehee achọ gụbe

Chileke.
2 Ẹkpiri Chileke; mbụ Chileke,
dzụ ndzụ akpọ mu
jegiri-jegiri.
?Bụ teke ole bẹ mu a-bya
apfụru l'iphu Chileke?
3 Ẹnya-mini mu bụwaa nri
eswe l'ẹnyashi mu;
kẹle ọ tọ dụdu teke ẹphe
ta ajịdu mu sụ:
“?Dẹnu ẹka Chileke ngu nọ?”
4 Nta-a, mu tụkoru iphe,
nọ mu l'obu epfushi-a
bẹ mu nyatarụ gẹ mu shi
edujeru igwe ọha;
anyi atụko awụ eje ala
l'ụlo Chileke.
Tẹme anyi agụ ebvu ẹhu-ụtso;
bya ekele Chileke
ekele l'echilabọ igwe ọha,
byaru ọbo-iphe ono.
5 Gụbe obu mu;
?dẹnu g'o gude ị nọdu
kpọyoo?
?Dẹnu g'o gude ị nọdu
etsu mu ophe?
G'ẹnya ngu dụ l'ẹka Chileke
nọ;
kẹle mu e-mechaa kele iya
ekele;
mbụ onye bụ iya bụ onye
adzọje mu nụ;
6 bya abụru Chileke mu.

Obu mu nọ kpọyoo.
Noo g'o gude mu nọdu lẹ
mgboru Jiọ́danu nyata
ngu;
mbụ l'alị Hamọnu l'eli
úbvú Miza.
7 Ogbumini akpọru ogbumini
okwe.
Akparamini ngu mẹ
gborogboro,
ọoso sọ-kputewaru mu.
8 Ọle ọobujeru; o -be l'eswe
bẹ Chipfu egoshije mu
n-yemobu iya.
O -be l'ẹnyashi l'ọ bụerupho
iphe, mu a-kpụru l'ọnu
bụ agụ ebvu nkiya.
Mu epfukwaphọ anụ Chileke
ono,
bụ iya gude ndzụ mu ono.
9 Mu sụru Chileke, bụ
agbara-mkpuma nkemu:
“?Dẹnu g'o gude ị zọhaa mu?
?Bụ gụnu kparụ iphe,
ndu ọhogu mu akpa mu ẹhu;
mu nọdu agụ aphụ ejephe?”
10 Ndu achị mu lẹ njọ anọduje
ekweru mu une mbọku-mbọku;
sụ mu: “?Dẹnu ẹka Chileke
ngu nọ?”
Iphe ono, ẹphe anọduje
epfuru mu ono
tụkowa ọkpu mu l'ophu
gwee arakabya.

11 Gụbe obu mu; ?dẹnu g'o gude
ị nọdu kpọyoo?
?Dẹnu g'o gude ị nọdu etsu
mu ophe?
G'ẹnya ngu dụ l'ẹka Chileke
nọ;
kẹle mu e-mechaa kele
iya ekele;
mbụ onye bụ iya bụ onye
adzọje mu nụ;
bya abụru Chileke mu.

# 43

1 Hanaaru mu enge; Chileke;
jiko gbanaaru mu
ọdzori;
nafụtanu mu l'ẹka ndu ono,
te eyeduru ngu obu ono!
Gbafụta mu l'ẹka ndu ụgho;
waa ndu apfụbeduru-ẹka-ọto.
2 Eshinu ọ bụ gụbedua,
bụ Chileke bụ agbarike mu;
?dẹnu g'ọ nwụru ị gbadoru
mu?
?Bụ gụnu kparụ iphe,
ndu ọhogu mu akpa
mu ẹhu;
mu nọdu eje ogbee-ogbee?
3 Menaa g'ọ bụru ìphóró
nkengu; yẹe ire-lanụ ngu
l'a-nọdu edu mu.
G'ẹphe dua mu durwua úbvú
nkengu ono, dụ nsọ ono;
mbụ g'ẹphe durwua mu

ẹka i bu gẹdegede.
4 Noo teke mu a-byarwuta
ọru-ngwẹja gụbe Chileke;
mbụ byapfutakpọ Chileke
ono, bụ ẹhu-ụtso mu;
bya abụru onye mu ete
ẹswa iya ono.
Mu a-kpọ une gude kele
ngu ekele gụbe Chileke,
bụ Chileke mu.
5 Gụbe obu mu; ?dẹnu g'o gude
ị nọdu kpọyoo?
?Dẹnu g'o gude ị nọdu etsu
mu ophe?
G'ẹnya ngu dụ l'ẹka Chileke
nọ;
kẹle mu e-mechaa kele
iya ekele;
mbụ onye bụ iya bụ onye
adzọje mu nụ;
bya abụru Chileke mu.

# 44

*Ẹ́vù, a kwarụ nụ onye-ishi ebvu g'ụnwu Kora gụa*

1 Gụbe Chileke; anyi gudekwa
nchị anyi nụma;
tẹme nna anyi oche phẹ
kọkwaaru iya phọ anyi;
mbụ iphemiphe ono,
i mekọtaru phẹ teke
ndiche ono.
2 L'ọo gụbedua l'onwongu

chịshiru ndu ọhozo l'alị phẹ;
bya eworu ẹphebedua
dzabẹ l'alị ono.
Lẹ ndu dụ igwerigwe bẹ i
mebyishiru;
obenu lẹ nna anyi oche
phẹ bẹ i meru g'ẹphe
jaa àjàjà.
3 Ọ tọ bụdu ogu-echi phẹ bẹ
ẹphe gude lwụta alị ono;
tẹme ọphu ọ bụdu
ọkpehu phẹ bẹ ẹphe gude
lwụ-kpee.
Obenu l'ọo ẹkutara ngu;
yẹe ọkpehu nkengu;
waa anọ-kube ono,
ị nọ-kube phẹ ono bẹ meru;
ẹphe lwụ-kpee;
noo kẹle ẹphe tụbaru ngu
l'ẹnya.
4 Ọo gụbedua bụ Chileke mu;
bya abụru onye
eze nkemu;
mbụ onye emeje g'oshilọkpa
Jiékọpu lwụ-kpee l'ọgu.
5 Ọo l'ẹka ngu bẹ anyi anọduje
nwuta ndu achị anyi lẹ
njọ nwuphu azụ.
Ọ bụru ẹpha ngu bẹ anyi
egudeje zọo ndu
wulihuru etso anyi
opfu pyakapyaka.
6 Mu ta chịduru ụpfu kwẹe

l'apfụ, mu chị;
tẹme mu maru l'ogu-echi
mu ta adzọdu mu.
7 Obenu l'ọo ike nkengu bẹ
anyi gude lwụ-kpee
ndu achị anyi lẹ njọ.
Ndu anyi dụ ashị bẹ i
meru iphere kpua.
8 Ọ kwa Chileke bẹ anyi
egudeje eku onwanyi
mbọku-mbọku.
Ọ bụru gụbe Chileke bẹ anyi
e-keleje ekele jasụ lẹ
tuutuutuu lẹ mịimiimii.
9 Ọle ị jịkaru anyi;
bya ekpua anyi iphu lẹ ntụ;
ọphu iitsojeẹduru ndu
ojọgu anyi eje ọgu.
10 Ị harụ ndu ọhogu anyi;
ẹphe chiphu anyi azụ;
ndu anyi dụ ashị bya atụko
ẹku anyi kwaa ọkwata.
11 Ị gbadoru anyi g'atụru,
e doberu k'egbushi.
Ị chịa anyi; anyi daa ịghagha
l'ọhamoha ọzo.
12 I wowaru ndibe ngu reshia
ọ-dụ-l'urwu;
k'ọphu bụ l'ọ tọ dụdu urwu,
i ritaru l'ishi phẹ.
13 I meru; ndu obutobu anyi
nọdu ekweru anyi une.
Ndu nọ-pheru anyi

mgburugburu nọdu
anọduje epfubyishi anyi;
bya achị anyi ọchi.
14 I meru; anyi bụru iphe,
ndu ọhozo gude anmaku
l'ẹjo ẹtu;
bụru ndu bụ: a -nyata
phẹ l'e phuphee ishi.
15 Mbọku-mbọku bẹ aanọduje
eme mu iphe-iphere
mmekwasẹ.
Iphere nọdu ejije mu iphu
pyịmu;
16 noo kẹle ndu ọhogu mu;
waa ndu eme g'ẹphe
gwata mu ụgwo-iphe
anọduje ekweru mu une;
epfutọshi mu.
17 Iphemiphe-a mekọtaru
l'ẹhu anyi; ọle anyi ta
zọhaduru ngu;
ọphu anyi emebyiduru
ọgbandzu anyi lẹ ngu.
18 Ọphu obu anyi alụfuduru
l'ẹka ị nọ;
ọphu anyi ahataduru ọkpa
zọbe k'eshiswe ụzo ngu.
19 Obenu l'i gwerụ anyi
arakabya l'ẹgu nkụta-ọswa;
bya eworu dadishi-nwamaa
phukpute anyi.
20 Ọme anyi zọharu Chileke anyi;
bya achị-liaru agwa ndu

ọhozo ẹka;

21 ?Chileke tege avọdu iya
vọfuta tọo;
eshinu ọ makọtaru iphe,
e domiru edomi,
dụ nemadzụ l'obu.

22 Ọle ọ bụ; ọo l'iswi ẹhu ngu
bẹ ọ tọ dụdu teke ọnwu
ta anọdujedu eme g'o
gbua anyi;
tẹme l'eeme anyi g'atụru,
a chịtaru eje egbushi.

23 Gụbe Nnajịuphu; tehu etehu!

?Dẹnu g'o gude i je anọdu
eku mgbẹnya?

Tehu etehu; ba ajịkashi anyi
ojejoje!

24 ?Dẹnu g'o gude ọphu i
yeheduru anyi ọnu?

?Dẹnu g'o gude ị zọhaa
iphe-ẹhuka, anyi eje;
bya azọhaa l'aakpa anyi ẹhu?

25 E mewaru anyi; anyi daa;
nmaa ẹpho l'alị;
k'ọphu bụ l'ishi tsụtawaru
anyi ẹja.

26 Gbalihu yeru anyi ẹka!

Guderọ n-yemobu ngu
gbafụta anyi!

# 45

*Ẹ́vù, a kwarụ nụ onye-ishi*
*ebvu g'ụnwu Kora gụa;*
*g'e gude olu ebvu, "Ojimbvu" gụa ya;*
*ebvu ekele-nwanyị*

1 Obu mu bẹ opfu ọma jiru kẹ
pyịmu pyịmu.
Onye mu epfu eyeru bụkwa
eze anyi.
Ire mu dụwaa gẹ
mkpara-ẹkwo onye maru
ede ẹkwo ẹgwegwa.
2 Ị kakọta nemadzụ,
a nwụkpooru anwụnwu
ama mma.
Eze-iphe-ọma jiru ngu ọnu ejiji;
kẹle Chileke gọru ọnu-ọma
ojejoje nụ ngu.
3 Gụbe O-gbua-o-turu-ugo;
wota ogu-echi ngu kee
l'upfu!
Gbaphua onwongu akpabiri
yẹe o-gbu-nwịinwii!
4 Dụnu akpabiri akpabiri
nyikoru l'ụgbo-ịnya ngu
gbaru kwaakwaakwaa
je alwụa lwụ-kpee!
See iswi ire-lanụ;
yẹe ewoze onwonye alị;
yẹe apfụbekoto.
G'ẹka-ụtara ngu mekwaa iphe,
dụ ebvu.
5 G'apfụ ngu, atsụ nkọ

mejeẹpho tsụrumu l'obu
ndu ọhogu gụbe eze.
G'ọhamoha dajẹkwa
kpurumu l'iphu ngu.
6 Gụbe Chileke; ọo g'ị bụ eze
nta-a bụ g'ịi-bụru iya jasụ
lẹ tuutuutuu lẹ mịimiimii.
Ikpe, pfụru ọto bẹ i gude
bụru eze; l'ẹka ị bụ eze.
7 Iphe, pfụru ọto dụ ngu ree;
ẹjo-iphe dụkwanu ngu
ashị.
Noo g'o gude Chileke,
bụ Chileke ngu họta ngu
l'echilabọ ndu unu l'ẹphe
bụ ọgbo; bya awụa ngu
manụ ẹhu-ụtso l'ishi.
8 Uwe ngu g'ọ ha bẹ mkpọ
mẹru; waa alowe;
yẹe kashia tụko vọo
pfurupfuru.
Une, a -gbẹ l'iphe, bụkpoo
unuphu ibe gụbe eze
akpọgbaa nọdu emeje
g'ẹhu tsọo ngu ụtso;
mbụ unuphu ọphu e
gudegbaa eze-enyi
mematagbaa.
9 Ụnwada eze hachakwaaru
yịru l'ụnwanyi aakwabẹ
ùbvù l'ibe ngu.
Ọo l'ẹkutara ngu bẹ
eze-nwanyị pfụru.

Iphe, o yeru l'ẹhu bụru iphe,
e meru lẹ mkpọla-ododo
Ofi.
10 Ngabẹ nchị gụbe ada-eze!
Jiko rịkwaa iphe-a,
mu abya epfupfu-a arịri!
Zọhakota ndibe unu;
waa ndu nna ngu phẹ!
11 Lẹ mma, ịima meakwaru;
ị nọdu agụ eze ẹgu.
Eshinu ọ bụ iya bụ nnajịuphu
ngu; phozejekwaru iya!
12 Ndu Taya a-nụkwa ngu iphe
kẹ mmanụ;
tẹme ndu nweru iphe
emeahaaru ngu ree;
g'eeshi g'ẹphe tụba ngu
l'ẹnya.
13 Ada eze bẹ nọ
l'o-gbu-nwịinwii iya;
e duba iya l'ụlo.
Uwe iya bẹ e gude oghu
mkpọla-ododo kwee.
14 E yeru iya uwe, e meru
ẹrengete duru ejepfu eze.
Ụnwumgboko ibe iya nọdu
etso iya l'azụ.
Ẹphebedua bẹ eedukwaphọ
edujeru eze.
15 Ẹhu atsọ phẹ ụtso;
ẹphe nọdu ete ẹswa;
e duru phẹ abahụ l'ibe eze.
16 Gụbe eze; ọo ụnwu ngu

bẹ a-nọchi ẹnya
ochochoroche ngu phẹ
bụru eze.
Ọ bụru phẹ bẹ ii-me g'ẹphe
bụru ishi lẹ mgboko
mgburugburu.
17 Mu e-me g'a nyatajẹ ngu;
e -shi l'ọgbo sweru ọgbo.
Ọo ya bụ g'ọhamoha
ekeleje ngu ekele jasụ lẹ
tuutuutuu lẹ mịimiimii.

# 46

*Ebvu, e deru nụ onye-ishi*
*ebvu g'ụnwu Kora gude*
*olu ụnwumgboko gụa*

1 Ọo Chileke bẹ bụ onye anyi nọ
l'ẹka ezeru ndzụ;
bya abụru iya bụ ike anyi.
Ọokwagebeje akwagebe
eyeru anyi ẹka m'anyi
nọdu eje iphe-ẹhuka.
2 Ọo ya bụ l'anyi ta abyakwa
l'atsụ ebvu;
m'obeta mgboko gha
ịgharaphu;
mbụ m'obeta a pata úbvú
l'ophu parụ je echiee
l'echi ogbu-ẹnyimu;
3 mini, nọ iya nụ phụa oke
ẹphu; byaa gbulagbula
byaa mebyikpọo
gbụkuu-gbụkuu;

k'ọphu úbvú angagbaa
anganga.
4 O nweru ẹnyimu ọphu dụ nụ.
Mini, shi iya nụ emeje g'ẹhu
tsọo mkpụkpu kẹ Chileke ụtso;
mbụ ẹka dụ nsọ,
Ọkalibe-kakọta-shii bu.
5 Chileke nọkwa lẹ mkpụkpu
iya;
k'ọphu bụ l'ọ tọ dụdu iphe,
byaru eme iya nụ.
Nchi -bya abọhu l'ọobyawaa
bya agbaarụ iya mkpu.
6 Ndu ọhozo gude ẹhu-eghu
aba hanyịhanyi.
O mee; alị-eze phẹ nọdu
angakọta anganga;
ọle Chileke woliẹrupho
olu gbọoru phẹ ụja;
Eliphe l'ophu rwushihu.
7 Chipfu, bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike
bẹ nọkwa swiru anyi.
Ọ kwa Chileke kẹ Jiékọpu
bụ onye anyi nọ l'ẹka
ezeru ndzụ.
8 Byanụ ahụma iphe, Chipfu
meru!
Bya ahụma g'o meru;
mgboko bụru mkpurupyata!
9 Oogboje ọgu l'eliphe l'ophu.
Ọogba-jishije apfụ bya
emebyishia arwa;
bya eworu ụgbo-ịnya

ọgu kpọkota ọku.
10 Ọ sụru: “Unu nọdu doo;
g'unu amaru l'ọo yẹbedua
bụ Chileke.
Ndu ọhozo a-tụ ọnu lẹ yẹbe
Chileke parụ ẹka;
mbụ l'aa-tụ ọnu iya l'eliphe
mgburugburu lẹ ya parụ ẹka.”
11 Chipfu, bụ
Ọkalibe-Kakọta-Ike bẹ
nọkwa swiru anyi.
Ọ kwa Chileke kẹ Jiékọpu
bụ onye anyi nọ l'ẹka
ezeru ndzụ.

# 47

*Ebvu, e deru nụ onye-ishi ebvu g'ụnwu Kora gụa*

1 Unu kụa ẹka unubẹ
ụnwu-eliphe l'ophu!
Unu gude ebvu ẹhu-ụtso
gbọoru Chileke ọgboo!
2 Noo kẹle Chipfu,
bụ Ọkalibe-kakọta-shii
gbaru g'a tsụje iya ebvu.
Kẹle ọo yẹbedua bụ Ọkalibe
eze, achịkota ndiphe
l'ophu.
3 Oomeje g'anyi kapyabẹ
ndiphe; bya emee gẹ ndu
ọhozo nọdu anyi lẹ mkpula.
4 Ọo yẹbedua họtaru anyi alị,
anyi bu;

mbụ alị ono, Jiékọpu,
onye Chileke yeru obu
egudeje eku onwiya.
5 Chileke kwolihuwaru jeshia
l'aba-eze iya.
Ndiphe tụshia ụzu agbọ
ọgboo; egburu iya opu.
6 Unu gụa ebvu gude tua Chileke
ẹpha! Unu tua ya ẹpha!
Unu gụa ebvu gude tua eze
anyi ẹpha! Unu tua ya ẹpha!
7 Kẹle ọo Chileke bụ eze ndu
mgboko mgburugburu.
Unu kwaa ẹvù gude jaa ya
ajaja!
8 Ọ kwa Chileke bụ eze ọhamoha.
Ọ nọkwa l'aba-eze iya, dụ nsọ.
9 Ndu nweru ẹnya l'eliphe
dzukọbeakwaru gẹ ndibe
Chileke kẹ Ébirihamu;
kẹle ndu eze, egbobutaje
ụnwu-eliphe,
bụkwa Chileke nwe phẹ.
Ọ kwa Chileke bẹ
kangokọtaru nụ.

# 48

*Ebvu-ọma, Ụnwu Kora gụru*

1 Chipfu parụ ẹka.
G'a jakwaa ya phọ ajaja,
rwuberu iya nụ
lẹ mkpụkpu kẹ Chileke anyi;

mbụ l'úbvú ono, dụ nsọ ono.
2 Úbvú Zayọnu ono ama
ntụmatu bya adụ akpabiri;
bya abụru ẹhu-ụtso
ụnwu-eliphe l'ophu.
Ọ nọ l'ụzo isheli mkpụkpu
Jierúsalẹmu, bụ mkpụkpu
onye eze, parụ ẹka.
3 Chileke nọakwa l'ụlo ndu
mkpụkpu ono anọduje
ezeru ndzụ.
O mewaru g'a maru l'ọo
yẹbedua bụ a
-gbabe-ezeeru-ndzụ.
4 Ndu eze chịkoberu ndu ojọgu
phẹ;
bya awụru bya g'ẹphe tsoo
mkpụkpu ono ọgu.
5 Ẹphe byarwutaẹpho bya ebu
iya ishi.
Ọ tụfu phẹ ẹhu; ndzụ gụhu phẹ;
ẹphe gbalachaa.
6 Ndzụ-agụgu, guderu phẹ
l'ẹka ono
tsụru phẹ l'ẹhu gẹ nwanyị,
ime eme.
7 I mebyishiru phẹ gẹ phẹrephere,
shi l'ụzo ẹnyanwu-awawa
emebyishije ụgbo-mini
Tashishi.
8 Ọo iphe, anyi nụmaru bẹ
anyi hụmakwarupho
lẹ mkpụkpu kẹ Chipfu,

bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike,
bụ iya bụ mkpụkpu
Chileke anyi;
mbụ l'ọo Chileke emeje
g'ọ ngụru angụru
jasụ l'ojejoje.
9 Anyi anọduje l'ime eze-ụlo
gụbe Chileke
arị k'obu ono, i yeru
anyi ono.
10 Gụbe Chileke; ọo g'ẹpha ngu
ngadzuru ẹkameka;
bụkwapho g'aanọduje aja
ngu ajaja lẹ mgboko
l'ophu.
Ọ bụru ikpe, pfụru ọto bẹ i
gude bụru eze.
11 Ẹhu atsọ úbvú Zayọnu ụtso;
mkpụkpu Jiuda nọdu ete
ẹswa.
Ọ bụru iphe, kparụ iya nụ bụ
g'iigudeje ekpe ikpe.
12 Unu jegbabẹada ọma Zayọnu.
Unu jephee ya mgburugburu;
gụa ụlo-ephekerephe,
o nweru ọgu.
13 Unu gbuchakwaa igo l'igbulọ,
e gude kpụ-phee
ya mgburugburu!
Unu elerwekwaaphọ ẹnya
l'ụlo-ezeru-ndzụ,
nọgbaa ya nụ.
Ọo ya bụ g'unu akọoru iya

ọgbo ọphu nọ l'iphu.
14 Noo kẹle Chileke-a a-bụru
Chileke anyi jasụ lẹ tuutuutuu
lẹ mịimiimii.
Ọ bụru iya a-nọdu edu anyi
jasụ g'anyi a-nọ-beru.

# 49

*Ebvu-ọma, e deru nụ onye-ishi ebvu g'ụnwu Kora gụa*

1 Unubẹ ndiphe; unu nụmakwa
iphe-a!
Unu ngabẹkwa nchị;
unubẹ ndu bu lẹ mgboko
l'ophu!
2 Gẹ ndu ha shii ngabẹ nchị;
ndu ha nwanshịi angabẹ.
Gẹ ndu nweru iphe yẹe
ndu ụkpa tụkokwa
ngabẹ nchị.
3 Opfu, shi mu l'ọnu a-bụru
opfu onye maru iphe.
Iphe, mu rịtaru l'obu emeje
g'iphe doo ẹnya.
4 Gẹ mu bya eworu nchị
gboberu ẹtu.
Mu akpọo une gude mee g'ílú,
mu tụru doo ẹnya.
5 Ndzụ ta abyadụ agụ mu mẹ
mbọku oke iphe-ẹhuka
rwuẹpho.
Ọ tọ dụdu m'obeta ndu achị

mu lẹ njọ nọ-phee
mu mgburugburu;
mu ta atsụkpodaa phẹ ebvu;
6 mbụ ndu ono, achịjeru
ụpfu kwẹe l'ẹku,
ẹphe kpatarụ;
gude akanya, ẹphe setarụ
eku onwophẹ.
7 Ọle ọ tọ dụkwa onye a-dụ ike
a-gbafụta nwibe iya;
ọphu ọ dụdu onye ọphu a-dụ
ike apfụ Chileke aswa ishi
nemadzụ ibiya.
8 Kẹle aswa pakwarụ ẹka l'iphe,
e gude agbata ndzụ.
Ọ tọ dụkwa iphe, nemadzụ
a-pfụ g'ọ sụru iya;
9 mbụ ụgwo, ọo-pfụ
nọdu ndzụ ojejoje;
g'o t'o rehu erehu.
10 Onyemonye eleanaa lẹ
ndu mmamiphe
anwụshihujechaa.
Ndu eswe mẹ ndu eme
bẹebeebee nọdu
abahụjechaa l'ilu.
G'ẹphe ha atụkoje woru ẹku
phẹ haarụ ndu ọzo.
11 Iphe, ẹphe anọduje arị
bụ l'ẹphe a-nọ jasụ l'ojejoje;
l'unuphu phẹ a-bụru
oje-lẹ-nwanwa;
ẹphe ewochaaru ẹpha phẹ

gụshia alị-ihe phẹ.
12 Obenu l'ẹku nemadzụ
ta akpọshidu iya anwụhu.
Ọ bụ-a g'anụ-ẹgbudu
anwụhuje-a bụ g'oo-mecha
nwụhu.
13 Hụmawaro g'ọonwujeru ndu
amadụ iphe;
waa g'ọodapfutaje ndu
awụ etso phẹ nụ;
mbụ ndu iphe, ẹphe anọduje
epfu adụje ree.
14 Iphe, e-mechaa mee phẹ
nụ bụ l'ẹphe a-nwụhu
g'atụru.
Ọ bụru ọnwu a-bya erwuta
phẹ;
ndu pfụberekoto atụa okoo
kpua phẹ;
mẹ o -bee l'ụtsu.
Ogwẹhu phẹ ono erekashịhu
mẹ e -shiẹpho l'ẹguru
ụlo phẹ ono;
parụ phẹ je adẹe l'ilu.
15 Obenu lẹ mbẹdua bẹ Chileke
a-gbafụta gẹ mu ta abahụ
l'alị-maa;
kẹle oo-mecha kuta mu
dokube onwiya.
16 Ọ -bụru lẹ nemadzụ
nọnyaaru bya enweru
iphe shii;
k'ọphu ndiphe watarụ iya

akwabẹ ùbvù;
gẹ ndzụ ta agụkwa ngu.
17 Noo kẹle ọ tọ dụdu ọphu
oo-gude ala m'ọ lashịa.
Ọphu ùbvù iya ọbu etsokwa
iya phọ ala l'ilu.
18 Ọ bụ eviya lẹ teke ọ nọ ndzụ
bẹ o shi gụkobe onwiya lẹ
ndu a gọru ọnu-ọma nụ;
tẹme ndiphe shikwaphọ
anọduje aja iya ajaja l'ọ
bụ onye ẹka-atụtu.
19 Ọle oo-mechaẹle-a lapfu
ndiche iya phẹ l'alị-maa;
ẹka a ta abyadụ ahụma
ìphóró.
20 Onye nweru iphe;
ọphu ọ madụ iphe bụ-a
g'anụ-ẹgbudu anwụhuje-a
bụ g'oo-mecha nwụhu.

# 50

*Ebvu-ọma, Asafu deru*

1 Ọ kwa Ọkalibe, bụ Chileke;
bya abụru Chipfu epfu
opfu-a.
Ooku mgboko l'ophu oku;
eshikpọo l'ụzo
ẹnyanwu-awawa jasụ
l'ụzo ẹnyanwu-arịba.
2 Chileke nọ lẹ Zayọnu egbu
nwịinwii; mbụ Zayọnu

ono ama ntụmatu ono.
3 Chileke anyi abyaakwaa;
ọle ọ tọ nọdu nggujingguji
abya.
Ọku, ata rịriri nọ iya l'ụzo
iphu.
Oke phẹrephere nọ-phee ya
mgburugburu.
4 Ooku igwe; eku alị;
g'ẹphe bya abụru ekebe iya;
g'ẹphe bya anọdu hụma
gẹ ya gude ekpe ndu nkiya
iya ikpe.
5 “Unu chịkoberu mu ndu bụ
nkemu g'ẹphe ha;
mbụ ndu mu l'ẹphe gude
ngwẹja gbaa ndzụ.”
6 Imigwe l'ophu anọduje atụ
ọnu gẹ Chileke bụ-be
onye pfụberekoto;
kẹle Chileke l'onwiya bụ
Onye-ikpe.
7 “Ndu mu; unu ngabẹ nchị;
gẹ mu pfua opfu yeru unu.
Gẹ mu gbaa unubẹ ndu
Ízurẹlu ekebe.
Ọ kwa mụbe Chileke bụ
Chileke unu.
8 Ọ tọ bụkwa kẹ ngwẹja,
unu egweje anụ mu;
ọzoo kẹ ngwẹja-akpọ-ọku,
unu egwejeru mu bẹ mu
abarụ unu mba iya;

kẹle ndu k'ono bẹ unu
anọduje emekọta l'o
rwuberu iya.
9 Ọ tọ dụkwa eswi, shi l'ọka
unu, mu a-nata;
ọphu ọ dụkwa g'ọ ka mma
l'ọo mkpi, shi l'ikpoto ẹku
unu, mu a-nata;
10 kẹle iphe, bụkpoo anụ,
nọkota l'ọswa bụkota nkemu;
mẹkpoo eswi,
dọru l'ụnubuku úbvú.
11 Ẹnu, ephe l'eli bẹ mu
makọtaru g'ẹphe ha;
anụ-ẹgbudu l'ophu
bụkotaru iphe mu.
12 Ọme l'ọo ẹgu agụ mu;
mẹ mu tege
abyapfutakwa unu;
kẹle ọo mbẹdua nwekọta
mgboko-a l'ophu;
yẹe iphe, nọ iya nụ.
13 ?Unu rịru lẹ mu atajẹ anụ
eswi?
?Tọo unu dobesụ lẹ mu
angụje mee eghu?
14 Ngwẹja, unu e-gwejeru nụ
mụbe Chileke bụ g'unu
keleje mu ekele.
Unu emekọtaje iphe,
unu riburu angụ l'unu
e-meru mụbe
Ọkalibe-kakọta-shii.
15 Unu -kua mu oku mẹ

iphe-ẹhuka byaru unu;
mu adzọta unu;
ọo ya bụ g'unu akwabẹje
mu ùbvù.”
16 Obenu l'onye ẹjo-iphe bẹ
Chileke sụru:
“?Dẹnu g'o gude ị nọdu
anọduje agụ ekemu mu
g'onye agụ ebvu?
?Dẹnu g'o gude ị nọdu
egudeje ọnu ngu
pfukuta ọgbandzu mu?
17 L'ẹka ị jịkaru sụ gẹ mu ta
alọshi ngu ẹka lẹ nchị;
woru opfu mu l'ophu
nwuru ye l'azụ.
18 Ị -hụma onye-oshi; l'i je
eshita iya ọ̀nyà;
tẹme unu lẹ ndu eri ogori
nọdu aswị ọswi.
19 Ọnu ngu bụepho njọ-opfu bẹ
iigudeje iya epfu;
ịinodu egudeje ire ngu
agba ẹregede.
20 Ị -nọdu; l'i pfutọshi nwune
ngu.
Ọ bụru nwune ngu nwoke,
unu l'iya shi l'ẹpho
lanụ bẹ ịinoduje evu
nvu-azụ.
21 Iphemiphe ono bẹ
i mekọtaru; mu nọduele-a
nggujingguji.

Ị gbẹ dobesụwanu lẹ mu lẹ
ngu bụ iphe lanụ.
Ọle mu a-bakwanụru
ngu mba iya;
tụa ngu ẹjo-iphe ono,
l'iime ono jalaa l'iphu.”
22 “Unu ngabẹ nchị l'iphe-a,
mu abya epfupfu-a;
unubẹ ndu zọharu
mụbe Chileke!
Ọdumeka mu alajashịa unu
iphiriba iphiriba;
l'ẹbe abụ l'ọ dụru onye
sụru unu anafụta.
23 Iphe, bụkpoo onye woru
ekele mee ngwẹja iya
bẹ bụ onye akwabẹ
mu ùbvù.
Ọ bụru iphe, bụ onye eme
iphe l'ụzo, pfụru ọto
bẹ mu e-goshi lẹ mụbe
Chileke
adzọtaje nemadzụ.”

# 51

*Ebvu-ọma, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu*

*Teke o deru iya bụ g'onye mpfuchiru Chileke, bụ Nétanu byachaaru ibe iya bya epfuaru iya l'o meru ẹji l'o jepfuru Batusheba*
1 Phụnaaru mu obu-imemini;

jiko Chileke;
eshinu n-yemobu ngu te
nwedu echihu.
Huchafunu atụpya ono,
mu tụpyaru ngu ono;
eshinu ịiphuje obu-imemini;
phụa k'etsutsu iya.
2 Sanaa mu rengurengu;
safụkota mu ẹjo-iphe,
mu megbabẹru;
l'i huchafụ mu iphe-ẹji,
mu meshiru ngu!
3 Kẹle mu maru gẹ mu
tụpyaberu ngu;
ọphu mu azọhajedu iphe-ẹji
mu azọha.
4 Ọo gụbedua gẹdegede bẹ
mu mesweru;
mbụ l'ọo gụbedua bẹ
mu meru iphe-ẹji.
Iswi dụ ngu mma l'ikpe,
i kperu mu;
ọphu ụta adụdu ngu iya l'ikpe,
ị nmarụ mu.
5 Mbụ-a; mu shikwa teke a
nwụru mu bụru onye
ẹjo-iphe.
Mbụ lẹ mu shirọ teke ne mu
tsụtaru ime mu bụtaru
onye eme iphe-ẹji.
6 Iphe, iile ẹnya iya lẹ ndzụ
amadụ bụ ire-lanụ.
Zinaa mu mmamiphe nkengu.
7 Gude ịsopu saa mu asasa

gẹ mu dụebe ree!
Saa mu gẹ mu chaa pemu
pemu g'aka-mini-sunoo!
8 Mee g'ẹhu tsọo mu ụtso;
gẹ mu tee ẹswa;
k'ọphu ọkpu mu ono,
ị nyajishiru ono
a-gbakerehu.
9 Gbakụtaru iphe-ẹji,
mu meshiru azụ!
L'i hufukọta ẹjo-iphe,
mu mekọtaru g'ọ ha!
10 Jiko Chileke; menaa g'obu
mu gụa mu ìphóró;
l'ị nụ mu unme ọphuu,
a-nọdu anụru ngu opfu.
11 Ta chịfukwa mu l'atatiphu
ngu!
Ọphu ị nafụkwa mu
Unme-dụ-Nsọ nkengu!
12 Nụ-phunu mu ẹhu-ụtso
ono azụ;
mbụ ẹhu-ụtso ono, shi l'adzọta,
ị dzọtaru mu ono.
Mee g'eme uche ngu heje mu
ihee; k'ọphu ọo-gbata
mu ike.
13 Ọo ya bụ gẹ mu ezia ndu
anọduje atụpya ngu nụ
ụzo ngu.
Ndu iphe-ẹji adakọbe
lwapfuta ngu.
14 Dzọnaa mu l'ikpe ọchi,
mu gburu; jiko Chileke!

L'ọo ngu bụ Chileke,
adzọje mu nụ.
Ọo ya bụ gẹ mu egude ire mu
gụa ebvu ẹhu-ụtso sụ
l'ị pfụberekoto.
15 Gụbe Nnajịuphu; kụhaa
mu ọnu;
k'ọphu mu a-ja ngu ajaja.
16 Ọme ọo ngwẹja bẹ iile
ẹnya iya; mẹ mu
egwekwaru iya
nụ ngu.
Obenu lẹ ngwẹja m'obeta ọ
bụru ngwẹja-akpọ-ọku
te emekwa g'ẹhu tsọo
ngu ụtso.
17 Kẹle ngwẹja ọphu Chileke
anatajẹ bụ aphụ-eji-obu.
Onye aphụ jiru obu l'iphe
o meru; izimanụ lwa iya
azụ bẹ gụbe Chileke ta
anmajẹkwa phulaphula.
18 Menaa Zayọnu g'ọ jaa àjàjà;
eshinu ọ dụ ngu l'obu.
Kpụnaa igbulọ Jierúsalẹmu!
19 Ọo ya bụ g'eegweaharu
ngu ngwẹja, pfụru ọto;
ngwẹja-akpọ-ọku
atsọahaa ngu ụtso;
l'a watarụ ngu egburu
oke-eswi l'ọru-ngwẹja
ngu.

# 52

*Ẹ́vù, Dévidi kwarụ*
*nụ onye-ishi ebvu*

*Teke ọ kwarụ iya bụ teke*
*Dowẹgu, onye Edọmu byaru*
*bya agbaarụ Sọlu ama sụ iya*
*lẹ Dévidi nọ l'ibe Ahimẹleku*

1 ?Dẹnu g'o gude ị nọdu eku
onwongu l'eme ẹjo-iphe;
oke, dụ ike?
?Tị madụ lẹ n-yemobu
Chileke a-nọ jeye l'ojejoje?
2 Iphe, iigudeje ire ngu epfu
l'ii-me bụepho ẹjo-iphe;
mbụ l'ire ngu atsụ nkọ g'akwọ,
a barụ ababa.
Iphemiphe, iimekpọo ememe
bụkotaru ụghoshi.
3 Ị ka eye ẹjo-iphe obu
eme l'iphe, dụ ree.
Adzụ ụka ka ngu ree eme
l'epfu iphe, pfụru nhamụnha.
4 Iphe, i yeru obu bụ
epfubyishi nemadzụ;
gụbe onye ono, adzụ-gbu
onwongu l'ụka ono!
5 Sụ-a; Chileke e-mebyishikwa
ngu; mee ngu l'ị bụru
mkpurupyata jasụru asụru.
Oo-wofu ngu; mee ngu g'i ti
buhẹ l'ibe ngu;
l'o phefu ngu ephefu l'alị

ndu nọ ndzụ.

6 Ndu pfụberekoto -hụma iya;
ẹphe atsụhu ebvu;
ẹphe achịa ya ọchi sụ:

7 “Unu lewarọ; onye ọwa-a bụ
onye jịkaru lẹ ya te
ewoduru Chileke eme
agbaru-ike iya.

Ọ kpọru obu yeru ẹku,
o nweru nwegharu iya ẹka;
bya egude ẹjo-iphe,
ọonoduje emeshi eko
dzụdzudzu.”

8 Obenu lẹ mbẹdua dụ g'oshi
olivu, jaru àjàjà nọdu
kpukala l'ime eze-ụlo
Chileke.

Mu a-chịru ụpfu kwẹe lẹ
n-yemobu Chileke
jeye l'ojejoje.

9 Mu a-nọdu ekele ngu ekele
jeye l'ojejoje;
kẹle ọo gụbedua l'onwongu
meru iya.

Mu anọdukpoepho nwadoo
ele ngu ẹnya l'ẹka;
kẹle ẹpha ngu dụ ree.

Tẹme mu anọdukwaphọ
l'iphu ndu dụru ngu
nsọ tua ngu ẹpha.

# 53

*Ẹ́vù, Dévidi kwarụ nụ onye-ishi ebvu; g'e gude olu aphụ kwaa ya*

1 Ndu eswe anọduje arị l'ime
obu phẹ lẹ Chileke
ta adụdu.
Ẹphe mebyishiwaru onwophẹ;
iphe, ẹphe eme bụru
akpamara;
ọphu ọ dụdu m'onye
lanụ eme iphe, dụ ree.
2 Chileke gbẹ l'imigwe lee ẹnya
lẹ mgboko-a; mbụ l'ẹhu
ụnwu-eliphe;
gẹ ya maru ?o nweru onye
kwarụ ẹnya?
Mbụ g'ọ maru ?o nweru onye
achọ yẹbe Chileke?
3 Ọle g'ẹphe ha tụkowaru haa
ụzo jephuhu.
Ẹphe tụkowaru g'ẹphe ha
mebyishihukọta.
Ọ tọ dụdu g'ọ ka mma l'ọo
onye lanụ eme iphe, dụ ree.
4 Ọ dụkwa gẹ ndu ono,
eme ẹjo-ememe ono te
nwedu egomunggo;
mbụ ndu anọduje eri ndibe
mu g'onye eri nri;
ọphu ẹphe epfujedu anụ
Chipfu.

5 Ẹphe bụ ndu ndzụ-agụgu
rwutaru;
l'ẹka adụdu iphe ndzụ-agụgu,
dụ iya nụ;
teke Chileke e-woru ọkpu
ndu tsoru ndibe iya ọgu
tụkashia nanụ nanụ;
meru iphe-iphere kpua phẹ;
kẹle ọ jịkawaru phẹ.
6 Ọ dụ mu g'e shi lẹ Zayọnu bya
adzọta ndu Ízurẹlu.
Jiékọpu e-te ẹswa;
ẹhu atsọo Ízurẹlu ụtso
mẹ Chileke dophuẹpho
ndibe iya azụ
l'ọnodu phẹ.

# 54

*Ẹvù, Dévidi kwarụ nụ onye-ishi ebvu; g'a kpọru une ye iya*

*Teke ọ kwarụ iya bụ gẹ ndu Zifu byaru bya asụ Sọlu lẹ Dévidi wohakwaru onwiya l'echilabọ phẹ*

1 Gudenụ ẹpha ngu dzọo mu;
gụbe Chileke!
Gudenụ ọkpehu ngu haarụ
mu enge!
2 Nụmanu epfupfu, mu epfu
anụ ngu; jiko Chileke.
Ngabẹnu nchị; nụma iphe,

shi mu l'ọnu.
3 Kẹle ndu shi eshishi wụru
bya mu etso opfu;
Ndu ewebushi akụrepho nọdu
achọ mu egbugbu;
mbụ ndu ata akpadu
Chileke ishi m'ilile.
4 Obenu l'ọo Chileke bụ onye
eyejeru mu ẹka.
Ọo Nnajịuphu bụ onye gude
ndzụ mu.
5 Gẹ Chileke mekwaa
g'ẹjo-iphe, ndu achị mu
lẹ njọ meru mu
laphuru phẹ azụ!
Gẹ Chileke mebyishikwaa
phẹ gude nno goshi
l'ọopfushije ike l'iphe,
o pfuru.
6 Mu a-tụ obu mu onyo
gwetarụ ngu ngwẹja.
Mu abya ekele ngu ekele
gụbe Chipfu;
kẹle ẹpha ngu dụ ree.
7 Tẹme ọ bụru ngu
dzọtakotaru mu l'iphe,
bụkpoo iphe-ẹhuka,
byapfutaru mu nụ.
Mu byakwaphọ ahụma l'e
mekperu ndu ọhogu
mu phẹ.

# 55

*Ẹ́vù, Dévidi kwarụ nụ onye-ishi ebvu; g'a kpọru une ye iya*

1 Nụmaro epfupfu, mu epfu
anụ ngu gụbe Chileke!
Ba agbakwa mu nkụchi;
kẹ g'ị ba anụma arwọrwo,
mu arwọ ngu.
2 Ngabẹru mu nchị zaa mu
ẹnu l'oku, mu eku ngu!
Ọriri mu anọduje egburwashị
mu ẹhu;
k'ọphu o meru; mu nọdu
anọduje atsụ oke ude.
3 Iphe, kparụ iya nụ bụru olu
ndu ọhogu mu, mu anụ;
waa mkpawere,
ndu ẹjo-iphe eme mu;
kẹle ẹphe anọduje achịru
mu ẹjo idzu;
bya egude ẹhu-eghu
epfubyishi mu.
4 Aphụ jiru mu obu;
anwụhu nọdu eye mu
ebvu eyeshikpọ mu
iya ike.
5 Ndzụ agụ mu agụshikpoo mu
ike;
ẹhu nọdu aphụkota
mu kpaakpaakpaa.
Ishi nọdu anyị mu ẹdzu.
6 Mu sụ l'ọ dụ mu g'a sụ lẹ mu

furu ǹkù gẹ ndo;
mẹ mu ephefuẹpho je achọo
ẹka mu a-nọdu tụta unme;
7 mẹ mu epheẹpho
phemihu je eburu l'echiẹgu;
8 mẹ mu emeẹpho ẹgwegwa
lashịa l'ụlo-mgbobuta mu;
mbụ ẹka oke phẹrephere
adụdu.
9 Mebyishinaa idzu ndu
ẹjo-iphe jiko Nnajịuphu!
L'ịghashia phẹ olu-opfu!
Kẹle mu hụmaru lẹ ndu
mkpụkpu ono eme
nwibe phẹ mkpawere;
tẹme ẹphe nọdu
ese opfu.
10 Ẹphe anọduje awụ-phe
l'igbulọ mkpụkpu ono:
eswe l'ẹnyashi.
Iphe-ẹji yẹe iphe-ẹhuka nọdu
azọgba g'ọ dụ phẹ
l'ime mkpụkpu ono.
11 Ẹjo-iphe pfụkwarupho
l'echilabọ iya;
tẹme ọphu mkpamẹhu
yẹe ụghoshi alụfujedu alụfu
l'edupfu phẹ.
12 Ọme ọ bụ l'ọo ndu ọhogu mu
anma mu phulaphula;
mẹ mu -atamikwaa ya
lẹ nshi.
Ọzoo ọme l'ọo onye mu dụ

ashị bẹ etu onwiya
ọphushugbu l'ẹka mu nọ;
mẹ mu -edomikwaaru
iya onwomu.
13 Obenu l'ọo gụbedua,
bụ onye ẹbo mu;
bya abụru onye mu l'iya
aswị ọswi;
bya eshikwaphọ ọ̀nyà
bẹ ọ gbẹ bụru.
14 Mbụ onye mu l'iya
kwatakpọo eshi ụtso;
bya abụru onye mu
l'iya atụkoje swịru eje
l'eze-ụlo Chileke.
15 G'ọnwu byakwa egbukwota
ndu ọhogu mu egbukwota!
G'ẹphe bụkwaru ndu ee-li
lẹ ndzụ!
Kẹle ẹjo-iphe kwawaru
ịkwato l'ime obu phẹ.
16 Obenu lẹ mbẹdua bụ Chileke
bẹ mu araku;
kẹle mu maru lẹ Chipfu
e-mechaa bya adzọo mu.
17 Mu egudeje olu aphụ echiku
iya lẹ mkpu l'ụzenyashi;
mẹ l'ụtsu; waa l'eswe.
Mu maru-a l'oo-mecha
nụma olu mu.
18 Ọo-nafụta mu l'ẹka ndu
etso mu ọgu.
Ẹphe -dụkpokwaa igwerigwe

g'ẹphe adụhabe bẹ
ọo-nafụtaele mu-a.
Ọ tọ dụdu iphe, ẹphe eme mu.
19 Chileke, bụ onye shi l'ichee
nọduta l'aba-eze iya
bẹ a-nụma olu mu;
bya anụa phẹ chịipfuu.
Kẹle ẹphe jịkaru agbanwe;
tẹme ọphu ẹphe atsụdu
Chileke ebvu.
20 Onye mu l'iya shi aswị ọswi
tsoru ọ̀nyà iya ọgu;
shi nno mebyia ọgbandzu,
ẹphe l'iya gbaru.
21 Opfu, shi iya l'ọnu nọdu echi
bụruburu g'ụkpa;
ọle iphe, jiru iya obu
bụ ndụmashi.
Mbụ l'opfu iya atụ atụtu gẹ
manụ ụrwazi;
ọle ọotsu nkọ g'ogu-echi,
a bataru nkọ.
22 Woru iphe ono, e boru ngu g'i
vuru ono haarụ Chipfu.
Ọo-dụ-a ike gudeshia ngu;
kẹle ọ tọ byadu aha
ndu pfụberekoto
g'ẹphe daa.
23 Obenu l'ọo gụbedua,
bụ Chileke l'e-duru ndu
ẹjo-iphe duba l'ime ilu;
ẹka ẹphe a-nọdu rekashịhu.
Ndu egbu ọchi waa ndu

ntuphu-ire bẹ i tii kwedu
g'ẹphe kpọo ụpfu
l'eliphe-a.
Obenu lẹ mbẹdua bụ ngu bẹ
mu dakoberu.

# 56

*Ebvu-ọma, Dévidi deru*
*nụ onye-ishi ebvu;*
*g'e gude olu ebvu, "Ndo beru*
*l'achị, nọ ụzenya" gụa ya*

*Teke o deru iya bụ*
*gẹ ndu Filisitayinu*
*guderu iya lẹ Gatu*

1 Gụbe Chileke; phụnaaru mu
obu-imemini;
a -nọnyaa; ndiphe woru
mu lwee elwelwe;
lẹ ndu ọhogu mu anọduje
akpa mu ẹhu
mkpụrumkpuru.
2 Mkpụrumkpuru bẹ ndu achị
mu lẹ njọ anọduje achị mu
kpabẹkpabe;
mbụ l'a dụ igwerigwe gude
eku-onwonye etso
mu ọgu.
3 Ndzụ -nọdu agụ mu; bụe ngu
phọ bẹ mu adakobeje.
4 Ọo Chileke ono, mu anọduje
aja opfu iya ajaja ono bẹ
mu dakoberu.
Ọphu ndzụ agụdu mu;

?bụ gụnu bẹ nemadzụ
mmanụ sụru mu ememe?
5 Tekenteke bẹ ẹphe ewojeru
opfu mu gha ịgharaphu.
Iphe, bụkpoo iphe, ẹphe
arịkpo arịri bụepho
g'ẹphe eshi mee mu ẹjo-iphe.
6 Ẹphe dzukọberu bya
edomishia onwophẹ.
Mbụ l'ẹphe anọduje edo ọkpa
mu achọkpoepho ụzo,
ẹphe e-shi gbua mu.
7 ?Ẹphe e-gude eme ẹjo-ememe
ono nahụ tọo?
Jiko Chileke; gudenụ oke
ẹhu-eghu ngu chitsushia
ndu ono l'ophu.
8 Ị mawaru g'ọotsube mu l'ẹhu.
Ị mawaru gẹ mu kwashiberu
ẹnya-mini.
?Tị tụkoduru iphemiphe ono
dekọta l'ẹkwo ngu?
9 Mu -rakuẹ ngu phọ bẹ ndu
ọhogu mu adakọbe
gbaphu azụ.
Ọphu doru mu ẹnya bụ lẹ Chileke
nọ l'ẹka iya nkemu.
10 Ọo Chileke ono, mu anọduje
aja opfu iya ajaja ono;
mbụ Chipfu ono,
mu anọduje aja opfu iya
ajaja ono;
11 Ọo Chileke ono bẹ mu dakoberu;

ọphu ndzụ agụdu mu;
?bụ gụnu bẹ nemadzụ sụru
mu ememe?
12 Gụbe Chileke; iphe, mu rifuru
angụ lẹ mu e-meru ngu
bụkwa mu bẹ ọ
tukoru l'ishi.
Mu a-bya egweru
ngwẹja-ekele nụ ngu;
13 noo kẹle ị nafụtaru ndzụ
mu l'ẹka ọnwu;
bya emekwaphọ gẹ mu
te vukota iphe daa iko.
Ọo ya bụ gẹ mu azọo ije
l'iphu Chileke l'ẹka
ìphóró dụru ndu
nọ ndzụ.

# 57

*Ebvu-ọma, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu; ishi ebvu iya bụ "Be mekwa gẹ mu laa l'iyi"*

*Teke o deru iya bụ teke ọ nahụru Sọlu gbala; je anọdu l'ime ọgba*

1 Gụbe Chileke; meeru mu
eze-iphe-ọma!
Jiko meeru mu rọ eze-iphe-ọma!
Kẹle ọo l'ẹka ngu bẹ mu nọ
ezeru ndzụ.
Mu a-nọdu lẹ mkpula oke
ǹkù ngu ezeru ndzụ;
jasụ teke ẹjo-iphe-ẹhuka,

byaru mu nụ-a
a-bvụebe.
2 Mu araku Chileke;
mbụ Ọkalibe-kakọta-shii;
mbụ Chileke, atụkoje
iphemiphe mekọtaru
mu.
3 Ọo-gbẹ l'imigwe zia g'a bya
adzọo mu;
bya emeru iphere tụ
ndu ono, achị mu
kpabẹkpabe ono.
Chileke e-goshi mu l'o yeru
mu obu; bya abụru
onye apfụshije ike l'iphe,
o pfuru.
4 Mu nọ l'echilabọ oduma;
mbụ-a; mu zẹkwa
l'echilabọ anụ-ẹgbudu,
atajẹ anụ nemadzụ.
Ndu ézé phẹ dụ g'arwa;
dụ g'apfụ;
tẹme ire phẹ nọdu atsụ
nkọ g'ogu-echi.
5 Goshinu ndiphe g'ị paberu
ẹka; mbụ l'ị nọghataru
akpaminigwe anọghata;
gẹ ndiphe l'ophu ahụma
g'ị dụ-be biribiri.
6 Ẹphe geru ụgbu kwabẹru mu
l'ụzo, mu eshi.
Ọo ya bụ; ẹhu rwụshihue
mu phọ arwụshihu.

Ẹphe gbẹshi je ebua nsụ dobe
mu l'atatiphu.
Ọle ẹphe mecharu daba lẹ
nsụ ọbu l'onwophẹ.
7 Obu shihukwaru mu ike
Chileke;
k'ọphu bụ lẹ mu e-gude
obu mu g'ọ ha agụ ebvu
etu ngu ẹpha.
8 Obu mu; tehu nwụru ẹnya.
Unu tehu nwụru ẹnya;
unubẹ ogelenda yẹe une;
kẹle mbẹdua e-gudekwa
ebvu kutee gẹregere
nchi-abọhu lẹ mgbẹnya.
9 Mu a-nọdu l'echilabọ ndiphe
kele ngu ekele
gụbe Nnajịuphu.
Mu anọdukwapho l'echilabọ
ọha l'ophu gụa ebvu
gude tua ngu ẹpha.
10 Noo kẹle n-yemobu ngu
parụ ẹka.
Ọ tụkoru imigwe l'ophu vọo
pfurupfuru.
Tẹme ire-lanụ nkengu dzuru
akpaminigwe.
11 Goshinu ndiphe g'ị paberu ẹka;
mbụ l'ị nọghataru
akpaminigwe anọghata;
gẹ ndiphe l'ophu ahụma g'ị
dụ-be biribiri.

# 58

*Ebvu-ọma, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu; ishi ebvu iya bụ "Be mekwa gẹ mu laa l'iyi"*

1 Unubẹ ọgbo-ikpe;
?ọ dụkporu-a teke opfu,
pfụru ọto eshije unu
l'ọnu fụta?
?Unu pfụbejekporu-a ẹka
ọto kpee
ụnwu-eliphe ikpe?
2 Waawakwa! Iphe, unu arịje
l'ime obu unu bụepho
g'unu e-shi mee iphe,
apfụduru-ọto.
Ọ bụru mkpawere bẹ unu
anọduje eme ụnwu-eliphe.
3 Ndu ẹjo-iphe eshije lẹ teke
ẹphe nọ l'ẹpho ne phẹ
shiswee ụzo.
Ẹphe akpaphuhuje lẹ teke a
dụkwaduro ime phẹ.
Adzụ ụka eshi phẹ lẹ dẹdede.
4 Ẹru, ẹphe atajẹ egbu egbugbu
g'ẹru ẹjo agwọ.
Ẹphe swọ-chishiru nchị ada
nkụchi g'oghu;
5 mbụ oghu, ata anụedu opu,
onye rwaru iya ẹka l'iphu egbu;
gude epfuru iya opfu;
m'o betakpọ o gbua ya
k'ẹrengete igbu-agha.

6 Kpaa phẹ eze, nọ phẹ l'ọnu
jiko Chileke!
Jiko Chipfu; swọshinaa
oduma ono ẹpyii ono,
nọgbaa phẹ l'ọnu ono!
7 G'ẹphe tashịhukwa g'ẹka
mini sọru sọghata.
Ẹphe -setaẹpho ụta phẹ kẹ
kịkiki g'ẹphe gbaa;
mekwaa g'apfụ phẹ bụru
inyiribachi!
8 G'ẹphe dụ g'eji, rwubashịhuru
erwubashịhu.
G'ẹphe te egudekwa ẹnya
phẹ hụma ẹnyanwu gẹ nwata,
ne iya kworu ekwokwo.
9 K'ọphu bụ; ẹswa, a tsụberu
l'ite -bya eme g'ọku
ngaa ẹnishi ite ono;
Chileke egudewaa oke
ẹhu-eghu iya zikọta ite
ono g'oke phẹrephere;
m'o beta iphe, e shiberu l'ite
ono dụkwadu oyi;
ọzoo l'ọobyawaa eghehu.
10 Ndu pfụberekoto bẹ ẹhu
a-tsọ ụtso;
m'ẹphe hụmaepho lẹ
Chileke apfụwa ndu
ẹjo-iphe ụgwo iphe-ẹji,
ẹphe meru;
mbụ m'ẹphe wataẹpho azọ
ndu ẹjo-iphe pyaapyaa.

11 Ọo ya bụ; ndiphe epfuahaa sụ:
“Ndu pfụberekoto bẹ obunggo
dụkwaru eviya;
mbụ l'ọ kwa ire-lanụ l'o
nweru Chileke, ekpeje
eliphe-a ikpe!”

# 59

*Ebvu-ọma, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu; ishi ebvu iya bụ “Be mekwa gẹ mu laa l'iyi”*

*Teke ọ gụru iya bụ teke Sọlu yeru ndu nche, eje anọdu eche ụlo, ọ nọ nche g'e gbua ya*

1 Nafụta mu l'ẹka ọhogu mu;
jiko Chileke mu!
Gbaaru mu ọdzori l'iphu ndu
wulihuru vụpyabe mu!
2 Nafụta mu l'ẹka ndu eme
ẹjo-ememe!
Dzọo mu l'ẹka ndu
mgbugbụmadzu!
3 Kẹle-a; gụbe Chipfu;
lewarọ l'ẹphe domishiru
onwophẹ kwabẹ g'ẹphe
gbua mu.
Ndu nweru ọkpehu wulihuru
etso mu opfu;
ẹbe abụ l'ọ dụru ekemu,
ẹphe tụru, mu mebyijeru;
tẹme ọphu ọ dụdu g'ẹphe

ha, mu tụpyajeru.
4 Ẹphe gbaru je edozia onwophẹ
g'ẹphe tsoo mu ọgu;
l'ẹbe adụ iphe, mu meru phẹ.
Jiko gbalihu; bya eyeru mu
ẹka!
Lenaa ẹjo ọnodu, mu nọ!
5 Jiko Chipfu; mbụ Chileke,
bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike;
bya abụru Chileke kẹ
ndu Ízurẹlu;
tehu etehu; je anụa ọhamoha,
bu lẹ mgboko aphụ!
Ba adụkwa ndu ẹjo-iphe ono,
elekebeje ẹnya eme iphe,
a-tsụru nwibe phẹ ono,
ịi-phụru obu-imemini!
6 Ọobujeru; ẹphe -lwa
l'ụzenyashi;
ẹphe aba hanyịhanyi
gẹ nkụta; tsoru mkpụkpu
ejephe.
7 Lewarọ ẹnya; ẹphe -saa ọnu
phẹ tụa nkọ gẹ nkụta;
Ogu-echi eshi phẹ l'ire
ngụshihu.
Ẹphe edobesụro l'ọ tọ dụdu
onye nụmaru iphe,
ẹphe epfu.
8 Ọlobuele-a ọchi bẹ gụbe
Chipfu achịje phẹ.
Ọo ọchi bẹ ọhamoha ono
anọduje ezi ngu.

9 Ọo gụbe Chileke bụ agbarike
mu.
Mu chịru ẹnya mu dzee l'ẹka
ị nọ.
Ọ bụru l'ime ngu bẹ mu
gbabarụ je ezeeru ndzụ.
10 Chileke, bụ onye yeru mu
obu bẹ a-gba mu ndzuta.
Chileke e-kwe gẹ mu gude
ẹnya mu hụma l'e
mekperu ndu ọhogu
mu.
11 Be gbukwa phẹ egbugbu
gụbe Chipfu,
bụ onye mgbobuta anyi!
Ọdumeka bẹ ndibe anyi
a-zọhakwa iya.
Gudechia ike nkengu
chịkashia phẹ!
Mee phẹ; mekpee phẹ!
12 Iphe, bụkotakpoo opfu,
eshije phẹ l'ọnu
abụjeerupho
mkpọkoro opfu.
Mbụ l'opfu, eshije phẹ
l'ogbogboromọnu fụta
abụkotajeerupho iphe-ẹji.
Tẹme ẹphe nọdu egudeje ọnu
phẹ adzụ ụka;
bya egude iya atụ nwibe
phẹ ọnu.
Ọo ya bụ; g'ekuku ono,
ẹphe anọduje eku

onwophẹ ono nmakwaa phẹ
g'ọ́nyà.
13 Gudenụ oke ẹhu-eghu ngu
mebyishia phẹ!
Mbụ g'iimebyishia phẹ
gbiriri jasụ teke ẹphe
a-bvụebe!
Ọo ya bụ g'ụnwu-eliphe
l'ophu amaru l'ọo Chileke bụ
Eze ndu Ízurẹlu;
tẹme l'ọ bụ eze
ụnwu-eliphe mgburugburu.
14 Ọobujeru; ẹphe -lwa
l'ụzenyashi;
ẹphe aba hanyịhanyi gẹ
nkụta; tsoru
mkpụkpu ejephe.
15 Ẹphe anọduje awuphe achọ
ẹka ẹphe e-ri nri.
Ọ -bụru l'ẹphe te erijiduru
ẹpho; ẹphe agbọahaa
ire gẹ nkụta.
16 Obenu lẹ mbẹdua a-gụ ebvu
gude tụa ọnu g'ọkpehu
ngu habe shii.
Ụtsu mbọku-mbọku bẹ mu agụje
ebvu ẹhu-ụtso gude goshi
g'eye obu ngu habe.
Noo kẹle ọo l'ime ngu bẹ mu
agbabajẹ je edomia
onwomu.
Tẹme ọ bụru ngu bẹ mu
agbabajẹ l'ime je ezeeru ndzụ;

mẹ mu nọdu eje iphe-ẹhuka.
17 Gụbe ike, dụ mu nụ;
mu a-gụ ebvu tua ngu ẹpha.
Noo kẹle ọo l'ime gụbe
Chileke bụ onye yeru mu
obu bẹ mu gbabarụ je
edomia onwomu.

# 60

*Ebvu-ọma, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu;*
*g'e gude olu ebvu,*
*"Ojimbvu Ọgbandzu" gụa ya.*

*Teke o deru iya bụ teke ẹphe lẹ ndu Arámu-Naharayimu waa ndu Arámu-Zoba lwụru ọgu; mbụ teke ono, Jiowabu lwarụ bya etsoo ndu Edọmu ọgu bya lwụ-kpee phẹ; gbua ụnu ojọgu ụkporo l'iri lẹ Nsụda Únú.*

1 Gụbe Chileke; ị jịkawaru
anyi woru anyi tụkaa
nanụ nanụ.
I shi avụru anyi ọvuma.
Ọle nta-a bẹ anyi arwọ ngu
sụ
g'ị ghanaaru anyi iphu ọzo jiko.
2 Ọo ngu meru eliphe;
ọ nmaa jiijiijii;
bya emee ya;
ọ gbawashịhu.

Nta-a bụ g'i menaa g'ẹka
i mekarụ iya iphe
kpochite;
kẹle ọongakwa anganga.
3 I hawaru ndibe ngu;
ẹphe jee iphe-ẹhuka;
bya echee anyi mẹe;
anyi ngụa akpọ kulakula.
4 Obenu lẹ ndu atsụ ngu
ebvu bẹ ị nụru
ẹkwa-ọhubama;
g'ẹphe chilia gude lwụa
ọgu k'ọkpobe opfu ono.
5 Gudenụ ọkpehu ngu dzọta
anyi; zanụ anyi ẹnu;
k'ọphu ee-shi nno dzọo
ndu i yeru obu.
6 Chileke nọwaa l'ụlo iya,
dụ nsọ pfua opfu sụ:
“Mu e-gude agbọ ọgboo
kewashịa alị ndu Shẹkemu.
Tẹme mu eworu nsụda
Sukọtu bushia.
7 Giladu bụ nkemu;
Manásẹ bụkwarupho
nkemu.
Ifuremu bụ okpu, mu
kpu l'ishi.
Jiuda bụkwanuru
mgbọro-eze, mu apajẹ
l'ẹka.
8 Mówabu bụ ochi, mu akwọje
ọkpa.

Ọ bụkwanuru lẹ Edọmu bẹ
mu eyeshije akpọkpa
mu dobe.
Ndu Filisitayinu bẹ mu
gbọwaru ọgboo kpua.”
9 ?Bụ onye e-du mu chịriri
werere duba lẹ mkpụkpu ono,
a kpụru kpụshia ike ono?
Mbụ-a; ?bụ onye e-duru mu
duba lẹ Edọmu?
10 Ọ kwa gụbedua Chileke bụ
onye ọbu.
Obenu l'ị gbẹ jịka anyi;
ọphu i tii tsojeẹduru ndu
ojọgu anyi eje ọgu.
11 Yeru anyi ẹka jiko g'anyi
mekpee ndu ọhogu
anyi;
kẹle eye ẹka k'ụnwu-eliphe,
bụ iphe-mmanụ.
12 Obenu l'anyi -nọduwaa
Chileke l'ẹka bẹ anyi
e-mekpe phẹ gẹ mkparawa.
Ọ bụru iya e-hu ndu ọhogu
anyi agbagba-nchị
l'alị.

# 61

*Ebvu, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu; g'a kpọru unu ye iya*

1 Nụmanu mkpu, mu echi jiko
Chileke!

Ngabẹ nchị l'epfupfu, mu
epfu anụ ngu!
2 Mu nọ l'ẹka igwe beru
alị beru echiku ngu lẹ
mkpu.
Noo kẹle meji atọfu mu atọfu.
Dunuru mu je edobe l'oke
mkpuma, ka mu l'eli!
3 Kẹle ọo ngu bẹ mu gbabarụ
l'ime ngu je edomia
onwomu;
bya abụkwaru ngu phọ
bụ ụlo-mgbobuta,
mu bahụru shi nno
nahụ ndu ọhogu mu.
4 Ọogukwa mu ẹgu gẹ mu buru
l'ibe ngu jasụ l'ojejoje;
mbụ gẹ mu nọdujewaro lẹ
mkpula eze ǹkù ngu
ezeru ndzụ.
5 Kẹle gụbe Chileke nụmawaru
iphe, mu rifuru angụ
lẹ mu e-meru ngu.
I mewaru gẹ mu tsoru ndu
akwabẹ ẹpha ngu ùbvù;
keta iphe-ọma, iimejeru
phẹ.
6 Menaa g'eze nọdu ndzụ
ogologo!
G'apha, ọo-nọ l'eliphe-a shinu
l'ọgbo sweru ọgbo!
7 G'aba-eze iya nọdunu l'atatiphu
Chileke jasụ l'ojejoje!

Jiko g'iphe, ii-gude eche
iya nche bụkwaru
n-yemobu ngu;
yẹe apfụshi ike,
ịipfushije l'iphe,
i pfuru.
8 Ọo ya bụ gẹ mu agụa ebvu
gude tua ngu ẹpha
jasụ l'ojejoje;
bya emeẹbekota iphemiphe,
mu rifuru angụ
ememe mbọku-mbọku.

# 62

*Ebvu-ọma, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu, bụ Jiedutunu*

1 Ọo ẹpho Chileke kpoloko bẹ
mu daru ngabẹru.
Kẹle ọo ya bụ onye a-dzọta
mu nụ.
2 Ọo yẹbedua nwẹkiya bẹ bụ
agbara-mkpuma nkemu;
bya abụru iya bụ Chileke,
adzọje mu nụ;
bya abụru onye mu
agbabajẹ l'ime iya
l'oodomia mu.
Ọo ya bụ l'ọ tọ dụdu onye
byaru l'enwubata mu
enwubata.
3 ?Bụ teke ole bẹ unu
e-tsuberu nwoke
ọwa-a otsukputu?

G'unu hakọta bẹ e-mechaa
tụko bụru mkpurupyata;
g'ẹka igbulọ;
ọzoo mgbabu zeru
tụ-gbushia ndu nọ
phẹ l'ime.
4 Iphe, unu shiberu ite iya bụ
g'unu nwufu iya l'aba-eze
iya ono.
Adzụ ụka nọdu atsọ unu
ntụmatu.
Unu nọdu egudeje
ogbogboromọnu unu
agọru nwibe unu
ọnu-ọma.
Obenu l'ime obu unu bẹ unu
anọduje atụ phẹ ẹjo ọnu.
5 Gụbe obu mu; nọdukwa
kwabẹru Chileke
nwẹkiya.
Kẹle ọo ya bụ onye mu ele
ẹnya l'ẹka kpoloko.
6 Ọo yẹbedua nwẹkiya bẹ
bụ agbara-mkpuma
nkemu;
bya abụru iya bụ Chileke,
adzọje mu nụ;
bya abụru onye mu agbabajẹ
l'ime iya l'o domia mu.
Ọo ya bụ l'ọ tọ dụdu onye
byaru l'enwubata mu
enwubata.
7 L'aa-dzọta mu bụ l'ẹka
Chileke bẹ ọ nọ.

L'aa-kwabẹ mu ùbvù
bụkwaru iya phọ bẹ ọ
nọ l'ẹka.
Ọo Chileke bụ eze
agbara-mkpuma mu;
tẹme ọ bụkwaru iya phọ
bẹ mu nọ l'ẹka ezeru ndzụ.
8 Unu dakobe iya tekenteke
kpọo unubẹ ụnwu-eliphe!
Unu woru obu unu gheberu
iya ọnu.
L'ọ kwa Chileke bụ onye anyi
nọ l'ime iya ezeru ndzụ.
9 Amadụ bụ udzu-ọnu.
Ohu bụru iphe, adụdu iphe,
ọ bụ.
Ọ -bụru g'atụ̀a ẹrwa phẹ
l'iphe, e gudeje tùa
ẹrwa nemadzụ bẹ ẹphe
tụko bụru iphe-iphoro.
10 Unu ta akpọkwaru obu ye
l'eme ndu ọzo ewere!
Ọphu unu egudekwa ana nfụ
eku onwunu!
O betakpọonu ẹku nọdu
abyaru unu
nyịmunyimu;
unu ta akpọkwaru obu
ye iya!
11 Chileke pfuakwaru iphe-a
mgbo lanụ.
Mbẹdua nụmawa iya
ugbo labọ;

mbụ l'ikemike bụ Chileke
nwekọta iya.
12 Tẹme l'ọo gụbe Nnajịuphu bẹ
n-yemobu kụru ishi l'ẹka.
Noo kẹle ịipfuje onyemonye
ụgwo g'iphe,
o meru gbaru.

# 63

*Ebvu-ọma, Dévidi deru*
*teke ọ nọ l'echiẹgu Jiuda*

1 Gụbe Chileke; ọo ngu bụ
Chileke mu!
Ọo ngu bụ onye mu anọduje
ele ẹnya iya eswe
l'ẹnyashi.
Ẹkpiri gụbe Chileke
anọduje akpọ
obu mu jegirijegiri.
Oghoroko ngu adụje
mu l'echiẹgu;
mbụ l'alị ọkponku,
mini adụdu.
2 Mu hụmawaru g'ike dụ-be
ngu; yẹe g'ị dụ-be
akpabiri;
gẹ mu shi ahụmaje iya l'ụlo
ngu, dụ nsọ.
3 Mu e-gude ọnu mu jaa ngu
ajaja;
noo kẹle n-yemobu ngu ka
ndzụ ree.
4 Mu a-nọduje ekele ngu ekele

jasụ gẹ mu a-nọ-beru.
Tẹme ọ bụru ẹpha ngu bẹ mu
e-gudeje chilia ẹka
imeli pfuru nụ ngu.
5 Obu mu bẹ ẹpho e-ji g'onye
riru nri, e gude ẹba-anụ;
waa ụmi ọkpu iya shia.
Ọnu mu e-gudekwanụ
ebvu ẹhu-ụtso,
dụ mu l'ogbogboromọnu
tua ngu ẹpha.
6 Ọobujeru; mu -zẹe l'iphe-azẹe
mu; mu anyata ngu.
Ẹnyashi l'ophu bẹ mu
arịkotaje kẹ nkengu.
7 Mu nọ lẹ mkpula oke ǹkù
ngu agụ ebvu ẹhu-ụtso.
Noo kẹle ọo ngu bụ onye
eyejeru mu ẹka.
8 Mu anọduje ngu ntse
tekenteke.
Ọ bụru ẹkutara ngu bẹ
gudeshi mu nụ.
9 Ndu achọ ụzo, ẹphe e-shi
gbua mu mebyishia
ndzụ mu
bẹ aa-chịru ye l'alị-maa.
10 Ee-gude ogu-echi gbua phẹ
pyaapyaa.
Ẹphe abụru nri, a kpatarụ
doberu nkụta-ọswa.
11 Obenu lẹ Chileke e-me g'ẹhu
tsọo eze ụtso.

Iphe, bụkpoo ndu egudeje
ẹpha Chileke eri angụ
bẹ e-tu iya ẹpha.
Ọnu ndu ntuphu-ire abụru
phẹ kpụrukudukuu.

# 64

*Ebvu-ọma, Dévidi deru*
*nụ onye-ishi ebvu*
1 Jiko Chileke; nụmanu mkpu,
mu echi ẹka mu epfu anụ ngu!
Gbochite mu gẹ mu ta
nọduhe atsụ ndu ọhogu
mu ebvu.
2 Domia mu g'ẹjo-idzu,
ndu ẹjo-iphe achịru mu te erwu
mu l'ẹhu; mbụ hanyịhanyi,
ẹphe aba ekpu mu;
mbụ ndu eme ẹjo-ememe.
3 Ndu abajẹ ire phẹ g'onye aba
mma.
Mbụ ndu anọduje agba njọ
opfu phẹ g'onye agba apfụ.
4 Ẹphe edomije onwophẹ
kwabẹru onye dụebe ree.
Onye ono -bya amaru;
apfụ abụwaru iya nụ
l'ẹhu kẹ pfụu.
O to nwedu iphe, ndzụ iya
agụ phẹ mẹ nanụ.
5 Ẹphe anọduje eyeru nwibe
phẹ ọkpu-ikike g'ẹphe
kebe ẹhu l'eme iphe-ẹji.

Ẹphe epfuje sụ l'ẹphe e-je
agbakacha ọ́nyà phẹ
lẹ mpya.
Ẹphe pfuchaa nno; ẹphe asụ:
“?Bụkwanu onye abya
phẹ ahụma?”
6 Ọo ya bụ; ẹphe -chịchaa
ẹjo-idzu; ẹphe asụ:
“Idzu, anyi chịru nta-a
dụkpoo ree dụ-ghee
ya adụ-ghe!”
Uche amadụ yẹe obu iya bẹ
ẹregede pakwarụ ẹka.
7 Obenu lẹ Chileke e-seta apfụ;
ẹphe -bya amaru bẹ ọ-gbakata
phẹ tụa l'alị.
8 Chileke e-me g'ẹphe vukota
abalị dagbua ọchii.
Ọ bụru iphe, opfu ọnu
phẹ kpatarụ.
Iphe, bụkpoo ndu hụmaru
iya nụ bẹ e-kwe l'ishi
gude kweru phẹ une.
9 Ndzụ e-rwuta amadụ l'ophu.
Ẹphe e-pfukashịa iphe ono,
Chileke meru ono;
bya ebvuru shii rịa ya ọriri.
10 G'ẹhu tsọo ndu pfụberekoto
ụtso l'ime Chipfu!
G'ẹphe gbabakwa l'ime iya je
domia onwophẹ!
G'iphe, bụkpoo ndu obu phẹ
gụru ìphóró tukwaa

ya ẹpha!

# 65

*Ebvu-ọma, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu*

1 Gụbe Chileke; ọ dụ ree g'anyi
nọdu lẹ Zayọnu tua
ngu ẹpha!
Anyi e-medzukọtaru ngu iphe,
anyi riburu angụ
l'anyi e-meru ngu.
2 Ọo gụbe onye ono, azajẹ oku
m'e pfuru nụ ngu bẹ
onyemonye a-wụ-pfuta.
3 Teke iphe-ẹji shi kapyabẹ anyi
bẹ i shiẹle-a anọduje
agụru anyi nvụ l'ẹjo-iphe
anyi.
4 Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ onye
ono, ị họtaru dokube
onwongu
Gẹ gụ l'iya nọdu l'ibe ngu.
Iphe, dụ ree, nọ l'ibe ngu
ejije anyi ẹpho;
mbụ iphe, dụ ree,
nọ l'eze-ụlo ngu, dụ nsọ.
5 Gụbe Chileke, bụ onye
ndzọta anyi;
iphe, iigudeje zaa anyi ẹnu
bụ iphe, dụ ebvu,
egoshi apfụbekoto nkengu.
Ndu bu l'ẹka igwe beru alị

beru;
waa ndu bu lẹ mgboru ẹnyimu,
kachakpọo anọdu ẹnya bụ
ngu bẹ ẹphe tụko chịru
ụpfu kwẹe;
6 mbụ gụbe onye bụ ọkpehu
ngu bẹ i gude mee úbvú;
ẹphe ngụchaaru angụru
l'ẹka ẹphe nọgbaa.
I keru onwongu ọkpehu
g'onye keru akpọ l'upfu.
7 Ẹnyimu, asọ gborogboro
bẹ iimeje l'oderu yẹkete;
mbụ l'ọotu-buhu akpara.
Ọhamoha -nọdu aba hanyịhanyi
bẹ iimeje;
ẹphe adaa kẹ
nyọnyoronyo.
8 Ndu bu ụzenya bẹ anọduje
anma pyaapyaapyaa
M'ẹphe nụma k'iphe,
dụ biribiri, iimegbabẹ.
Ndu shi l'ụzo ẹnyanwu-awawa;
waa ndu ụzo ẹnyanwu-arịba
bẹ iimeje g'ẹphe tụa ụzu-ẹhu-ụtso.
9 Ị gbaru mini l'eliphe teke ị
byaru iya agbaphe;
shi nno mee ya;
ọ bụru alị ọma.
Ẹnyimu nkengu bẹ i meru gẹ
mini ji ejiji.
Ndiphe l'ophu bẹ i meru g'iphe,
ẹphe kọberu l'alị nọdu emehuru;

kẹle ọo ẹgube ono bẹ i
meru iya g'ọ dụ.
10 Mini bẹ i dzeru;
ọ dọru adọru l'ẹnyoru.
Ị bya alwaa yẹgeyege
mini gude mee igbo;
ọ dụ nwuhanwuha;
shi nno gọru ọnu-ọma nụ iya
mee iphe, a kọberu iya
wata efushi.
11 Ị bya eworu ẹka-atụtu
nkengu kpube apha
g'okpu-eze.
Tẹme iphe, bụkpoo ụzo,
i shiru bẹ i dzeru iphe,
dụ ree gẹ mini.
12 Ẹswa bya erwushia
nọdugbaa kẹ nyịmunyimu
l'echiẹgu.
Tẹme ẹhu-ụtso dọerupho kẹ
nyịmunyimu l'úbvú.
13 Ẹka eecheje iphe-edobe
bẹ atụru kụru ata nri.
Nsụda bụ iphe, jiru iya nụ
bụ iphe-akụku,
a kụru iya.
Iphemiphe ono tụkoru akwa
ẹvu; agụ ebvu ẹhu-ụtso.

# 66

*Ebvu-ọma, e deru nụ*
*onye-ishi ebvu*

1 Unu tụa ụzu ẹhu-ụtso gude jaa

Chileke;
unubẹ ụnwu-eliphe l'ophu!
2 Unu gụa ebvu gude kutsee
ẹpha iya!
Unu etua ya ẹpha; jaa ya
ajaja!
3 Unu sụ Chileke: “Ha!
Iphemiphe, ịinoduje
eme dụkwa ebvu!
Ike ngu parụ ẹka k'ọphu bụ lẹ
ndu ọhogu ngu adajẹ
kpurumu l'iphu ngu;
ẹka ndzụ agụ phẹ.
4 Ndiphe mgburugburu adajẹ
kpurumu l'iphu ngu baarụ
ngu ẹja; gụa ebvu nụ ngu;
mbụ l'ẹphe agụje ebvu
gude kutsee ẹpha ngu.”
5 Unu byanụ ahụma ozi,
Chileke jeru!
Chileke dụkwa ebvu l'iphe,
oomeru ụnwu-eliphe.
6 Onye meru ẹnyimu;
ọ bụru alị, kpọhuru nkụ.
Ẹphe gude ọkpa ghaa ẹnyimu
ono.
Ẹhu-ụtso ozi, o jeru tsọru
anyi teke anyi nọ l'ẹka ono.
7 O gude ike ọkpu nkiya bụru
eze ojejoje.
Ẹnya iya nọdu ahụmakotaje
ọhamoha!
Ọo ya bụ g'ọ tọ dụkwa ndu

ẹjo ọkpoma ono l'e-je
iya atụpya!
8 Unu tua Chileke anyi ẹpha;
unubẹ ụnwu-eliphe!
G'a nụmanu ajaja, unu a-ja iya!
9 L'ọo ya doberu anyi ndzụ;
bya emee g'ọkpa ngụru
anyi angụru g'o to chifu.
10 Noo kẹle gụbe Chileke
hụwaru anyi ama;
bya emee anyi; anyi dụ ree
gẹ mkpọla-ọchaa, a hụru l'ọku.
11 I dutaru anyi duru ye
l'ọ́nyà;
bya eworu oke ivu tukobe
anyi l'okpurukpu.
12 I meru g'ụnwu-eliphe wee
anyi ishi kperekpere.
Anyi jeru iphe, anwụ chiru anyi;
mini nmaa anyi.
Ọle i mechaarụ duta anyi bya
edobe l'ẹka anyi tụsaru ẹhu.
13 Mu e-gude
ngwẹja-akpọ-ọku je
l'ụlo ngu.
Mu emedzukọtaru ngu iphe,
mu rifuru angụ lẹ mu
e-meru ngu.
14 Mbụ iphe, mu gude
ogbogboromọnu mu
kweta;
bya egude ọnu mu pfua
lẹ mu e-meru ngu;

teke mu eje iphe-ẹhuka.

15 Mu a-kpụta ebili, tsụru ẹba
je egude gweeru ngu
ngwẹja-akpọ-ọku.

Mu egbuaru ngu oke-eswi;
gbushiaru ngu eghu.

16 Unu byakpọdapho bya
angabẹ nchị; iphe,
bụkpoo unubẹ ndu atsụ
Chileke ebvu;
gẹ mu kọoru unu iphe, o
meru lẹ ndzụ mu.

17 Mu gude ọnu mu ọwa-a
raku iya.

Mu gude ire mu tua ya ẹpha.

18 Ọme mu meru iphe-ẹji kwachia
l'obu mu;
mẹ Nnajịuphu tege
angabẹkwa nchị anụma
olu mu.

19 Obenu lẹ Chileke ngabẹru
nchị;
nụma olu mu ọkpobe anụma
teke mu epfu anụ iya.

20 G'e tukwaa Chileke ẹpha;
mbụ onye ajịkaduru
angabe nchị nụma epfupfu,
mu epfu anụ iya;
tẹme ọphu ọ hadụru egoshi
lẹ ya yeru mu obu.

# 67

*Ebvu-ọma, e deru onye-ishi ebvu; g'a kpọru une ye iya*

1 Gẹ Chileke meeru anyi
eze-iphe-ọma;
gọru ọnu-ọma nụ anyi;
mekwaphọ g'iphu tụsahu
iya l'ẹhu anyi.
2 K'ọphu ụnwu-eliphe a-maru
ụzo ngu;
tẹme ọhamoha
amakwarụpho
l'ịidzotaje nemadzụ.
3 G'ụnwu-eliphe kelenụ gụbe
Chileke ekele!
G'iphe, bụkpoo nemadzụ
mgburugburu kele
ngu ekele!
4 G'ẹhu tsọnaa ọhamoha ụtso;
g'ẹphe tụnaa ụzu
ẹhu-ụtso!
Kẹle ndiphe l'ophu bẹ iikpeje
ikpe, pfụru ọto;
tẹme ọ bụru ngu anọduje
akpọ-ziru ọhamoha,
nọ l'eliphe ụzo.
5 G'ụnwu-eliphe kelekwa gụbe
Chileke ekele!
G'iphe, bụkpoo nemadzụ
mgburugburu kele
ngu ekele!
6 Ọo ya bụ; g'iphe, a kọberu l'alị
emehukwanụ emehu.

Tẹme Nnajịuphu, bụ Chileke
anyi ono agọru ọnu-ọma
nụ anyi.
7 Chileke a-gọru ọnu-ọma nkiya
ono nụ anyi.
Ọo ya bụ gẹ ndiphe l'ophu
jasụ l'ẹka igwe beru
alị beru awatakwanụ
iya atsụ ebvu!

# 68

*Ebvu-ọma, Dévidi deru*
*nụ onye-ishi ebvu*

1 Gẹ Chileke zilihu;
gẹ ndu ọhogu iya agbaa
nanụ nanụ!
Gẹ ndu ọ dụ ashị shikwa iya
phọ l'iphu gbalachaa!
2 Zikashịnaa phẹ nanụ nanụ;
gẹ phẹrephere ezikashịje
ẹnwuru-ọku-a.
Ọo g'ụ̀nwù adazehuje lẹ
mgboru ọku-a
bụ gẹ ndu ẹjo-iphe a-la l'iyi
l'iphu Chileke.
3 Obenu lẹ ndu pfụberekoto bẹ
ẹhu a-tsọ ụtso.
Ẹphe a-nọdu ete ẹswa l'iphu
Chileke.
Ẹphe egude ẹhu-ụtso tee ẹswa
teshia ya ike.
4 Unu gụa ebvu nụ Chileke;
gụa ebvu gude tua ya

ẹpha!
Unu kutsee onye ono,
anọduje l'ụgbo-ịnya
iya agba l'urwukpu
onoya.
Ẹpha iya bụ Chipfu;
unu nọdukwa iya l'iphu
tee ẹswa.
5 Chileke nọ l'ibe iya,
dụ nsọ bụru Nna ndu
enwedu nna;
bya abụru onye agbajẹru
ụnwanyi,
ji phẹ anọedu ọdzori.
6 Chileke ewojeru ndu bụ
nkịnyi doo l'ipfu l'ipfu;
tẹme ọ nọdu edufutajẹ
ndu a tụru mkpọro
l'ụlo-mkpọro.
Obenu lẹ ndu kwefuru iya
ike bụ l'alị,
ẹjo anwụ echi bẹ ẹphe
bu.
7 Gụbe Chileke;
teke ị gbẹshiru duta ndu
nkengu;
duru phẹ ghaa alị,
dabyiru mgbegere;
8 bẹ alị nmarụ jiijiijii.
Igwe bya edzee mini l'iphu
gụbe Chileke, bụ onye
kẹ Sayịnayi;
mbụ gụbe Chileke kẹ

Ízurẹlu.
9 Gụbe Chileke;
ọo ngu dzeru ogbodogo mini;
gude gbaa alị-ihe ngu unme teke ike bvụru iya.
10 Ndibe ngu bya alaa l'ime iya je eburu;
tẹme i shi l'ikpoto iphe,
i nweru nụ ndu ụkpa iphe,
mkpa iya dụru phẹ.
11 Ọ bụ-a epfupfu,
Chipfu pfuru opfu ọbu;
a dụ igwerigwe mee g'a madzuru iphe,
o pfuru.
12 Ọ sụru: “Ndu eze mẹ ndu ojọgu unu mee ẹgwegwa
gude ọso gbafụ!”
Ụnwanyi, kụru l'unuphu;
wụfuta bya ekee iphe,
a kwatarụ l'ọkwata.
13 Ndu ono shi zẹshia l'ọdu atụru dụ gẹ ndo,
a wụkotaru ǹkù iya mkpọla-ọchaa;
bya egude mkpọla-ododo mekọta ẹba iya;
ọ nọdu egbu nwịinwii.
14 Teke Ọkalibe-kangokọtaru-nụ chịkashiru ndu eze

l'alị ono
bẹ ọ dụepho
g'aka-mini-sunoo,
dashịru l'eli úbvú
Zalụmonu.
15 Úbvú úbvú, nọgbaa lẹ
Beshanu bụgbaa oke úbvú,
parụ ẹka;
mbụ l'úbvú Beshanu bụ
úbvú, nwegbaarụ mpfụkashi.
16 Unubẹ eze úbvú,
nwegbaarụ mpfụkashi;
?Dẹnu g'ọ nwụru unu
ejiru úbvú Chileke
ijiẹnya?
Mbụ úbvú ono, Chipfu,
bụ Chileke họtaru
je eburu bụru eze ndibe
iya jasụ l'ojejoje ono.
17 Ụgbo-ịnya kẹ Chileke bụkwa
ụnu-kụru-ụnu.
Nnajịuphu shi lẹ Sayịnayi
bya ibe iya;
ẹka o doberu nsọ,
bụ úbvú Zayọnu.
18 Teke ono, ị gbẹshiru lashịa
l'ephekerephe ono bẹ i
dutaru igwerigwe ndu
ị kpụru lẹ ndzụ lashịa.
Ndiphe gwerụ iphe nụ ngu kẹ
mmanụ;
mbụ je akpachaa lẹ ndu
shi anọduje ekwefụru

ngu ike;
k'ọphu gụbe Chipfu,
bụ Chileke a-nọdu
l'echilabọ phẹ.
19 G'ajaja bụru kẹ Nnajịuphu;
mbụ Chileke ọphu bụ onye
ndzọta anyi;
bya abụru onye evutaje
ivu ẹhu anyi vuru
mbọku-mbọku.
20 Chileke anyi bụ Chileke,
adzọje ndzụ.
Ọ bụru l'ẹka Chipfu,
bụ Nnajịuphu ono bẹ
eeshije nahụ anwụhu.
21 Chileke e-chikpọshi ndu
ọhogu iya ishi;
mbụ okpokoro ishi ndu
emekwadu ẹjo-ememe.
22 Nnajịuphu sụru: “Mu e-shi
lẹ Beshanu duta unu
duphuta azụ.
Mu e-je l'ọhu eze-ẹnyimu je
agụta unu gude lwa;
23 k'ọphu unu a-bya azọo
ndu ọhogu unu
pyakapyaka.
Nkụta unu eketakwaphọ oke
ọphu rwuberu phẹ nụ.”
24 Gụbe Chileke;
onyemonye gbẹwaa nta-a
hụma gẹ ndibe ngu dzeberu
awụ alwa;

mbụ lẹ ndibe Chileke,
bụ eze mu dzebewaru
awụ ala l'ụlo iya,
dụ nsọ.
25 Ndu nọ l'iphu bụ ndu agụru
phẹ ebvu.
Ndu etso ndu k'ono bụru ndu
akpọ une eye iya.
Akatikpo ụnwumgboko,
nọdu akụkwapho nkwa
etso phẹ.
26 Janaa Chileke ajaja
l'edzudzu-ọha!
Jaa Chipfu ajaja l'echi
ẹka ndu Ízurẹlu
dzukọberu!
27 Sụ-a; ndu edu phẹ nụ bụ
ọkpa-ipfu Benjiaminu,
bụ ọkpa-ipfu kẹ nwata.
Ndu-ishi ọkpa-ipfu Jiuda;
waa kẹ Zebulọnu;
waa kẹ Nafụtali nọdu
eze gbiigbiigbi
etso phẹ.
28 Gụbe Chileke;
rụkotanu ike ngu!
Goshinu anyi ọkpehu
ngu Chileke;
mbụ ike ono, i shi
gudehawaa ree ire l'opfu
ẹhu anyi ono.
29 Ndu eze e-gude k'eze-ụlo ngu,
nọ lẹ Jierúsalẹmu bya

emeeru ngu iphe-ọma.
30 Baarụ ẹjo-oke-agiyi ono,
nọ l'ẹ̀jì ono mba;
mbụ ọha ono,
achị ndiphe kpabẹkpabe
g'oke-eswi,
eme ẹna achị nweswi
ọso ono;
jasụ teke onyemonye
ewoze onwiya alị;
gude mkpọla-ọchaa
bya l'iphu ngu.
Chịkashia ndu ono,
alwụ ọgu anọduje
agụ g'ẹgu-nri ono!
31 Ndu-ishi Ijiputu;
waa ndu Kushi bẹ a-bya
achị-liaru Chileke ẹka.
32 Unu gụa ebvu nụ Chileke;
unubẹ alị-eze
ụnwu-eliphe l'ophu!
Unu gụa ebvu gude tua
Nnajịuphu ẹpha!
33 Unu gụa ya nụ onye ono,
anọduje l'ụgbo-ịnya
iya agba l'ephekerephe
urwukpu ichee ono;
mbụ onye egudeje
oke olu tụa egbigwe.
34 Unu tụa ọnu g'ike Chileke
habe shii;
mbụ onye akpabiri iya
tụkoru Ízurẹlu sweta;

onye bụ akpaminigwe
egoshi g'ike iya habe shii.
35 Gụbe Chileke;
ị dụ ebvu l'ụlo ngu,
dụ nsọ.
Ọo gụbe Chileke ndu Ízurẹlu
emeje g'ike dụ ndibe ngu;
ọkpehu adụ phẹ.
G'ajaja bụru kẹ Chileke!

# 69

*Ebvu, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu; g'e gude olu ebvu, "Ojimbvu" gụa ya*

1 Dzọo mu jiko Chileke;
kẹle mini wọwaru mu l'ẹkpiri.
2 Mu emiwa emimi emiba l'ẹpuchi;
ẹka adụdu iphe, kọbe nvọ, dụ iya nụ.
Mu darwuwaru ọhu-mini;
utso woru mu ria.
3 Mu chiwaru mkpu chita ike mu.
Ẹkpiri gọwaa mu agọgo.
Tẹme mu nọdu aphụwaa ragaraga;
ẹka mu nọ ele ẹnya Chileke mu.
4 Ndu mu dụ ashị l'ẹbe adụ iphe,
mu meru phẹ kakwa ẹgbushi,

nọ mu l'ishi igwerigwe.
Mbụ lẹ ndu ọhogu mu
pakpọoru igwerigwe;
mbụ ndu anọduje achọ ụzo,
ẹphe e-shi mebyishia mu;
l'ẹbe ọ dụkpoo iphe,
mu meru phẹ.
Ẹphe ekebutajẹ mu;
mu apfụa ụgwo iphe,
mu ezitaduru.
5 Gụbe Chileke;
i mawaru gẹ mu shi
emeberu eswe;
ọphu ọ dụdu iphe-ẹji mu
ọphu eemeru ngu lẹ mpya.
6 Gụbe Nnajịuphu, bụ Chipfu;
bya abụru Ọkalibe-Kakọta-Ike;
te ekwekwa g'e gude iswi
ẹhu mu mee ndu ele ẹnya
ngu iphe-iphere!
Ọphu i kwekwa g'e gude
iswi ẹhu mu meru iphere
kpua ndu achọ ngu nụ;
jiko Chileke kẹ Ízurẹlu!
7 Kẹle ọo l'iswi ẹhu ngu bẹ e
gude ekweru mu une;
bya eme iphe-iphere
ekpu mu.
8 Ndibe anyi bẹ mu dụwaa gẹ mu
bụ onye byaru abyabya;
mbụ unwune mu gẹdegede
gụbe mu onye ọhozo.
9 Kẹle obu, mu yeru ụlo ngu

rimiwaru mu ishi.
Iphe, bụkpoo une,
e kweru ngu bụru mbẹdua
vutaru ọnwu iya.
10 Mu rarụ ẹkwa swịa ẹgu
l'iphu Chileke.
Iphe ono tụkochaa bụru iphe,
ẹphe gude kweru
mu une.
11 Mu yee uwe-aphụ;
ẹphe gude iya gụaharu
mu ebvu.
12 Ndu dọru l'ọnu-abata
nọdu epfuru mu.
Mu bụru onye ndu angụ
mẹe gude agụ ebvu-mẹe.
13 Ọle ọo gụbe Chipfu bẹ
mu anọduje epfu anụ.
Gụbe Chileke;
gude n-yemobu ngu
ono zakpọe mu phọ ẹnu
teke dụ ngu ree;
bya adzọo mu
ọkpobe adzọdzo.
14 Lọfuta mu l'ẹpuchi;
b'ekwekwa g'o ria mu!
Nafụtanu mu l'ẹka ndu mu
dụ ashị!
Bya agụfuta mu l'echi
ogbumini ono!
15 B'ekwekwa g'utso ria mu!
B'ekwekwa gẹ mu darwua
ọhu-mini!
Ọphu iikwekwa g'e lia mu

lẹ ndzụ!
16 Zanụ mu ẹnu gụbe Chipfu;
kẹle n-yemobu ngu
dụ ree.
Ghanaaru mu iphu Chileke;
kẹle ị phụnukaru
obu-imemini.
17 Be domikwaru mụbe onye
ejeru ngu ozi iphu!
Zanụ mu ẹnu ẹgwegwa;
kẹle mu eje iphe-ẹhuka.
18 Kpịritanuru ntse bya
adzọo mu!
Gbafụta mu rọ m'ọbvu ndu
mu l'ẹphe dụ l'opfu!
19 Ị mawaru g'ẹphe kweberu
mu une;
bya amakwarụpho g'ẹphe
meberu mu iphe-iphere
kparụ.
Ndu bụ ọhogu mu bẹ
ị makọtanuru-a.
20 E kwekwaru mu une jasụ
ọkpoma wahụahaa
mu awahụ.
Nta-a bẹ o mewaru mu;
ọphu ike adụedu mu.
Mu leru ẹnya onye a-phụru
mu obu-imemini;
ọphu ọ dụdu.
Mu bya elee ẹnya onye a-dụ
mu obu;
ọphu ọ dụdu onye
mu hụmaru.

21 Ẹphe wotaru mu iphe,
egbu egbugbu gẹ mu ria
g'ọ bụru mu nri;
bya edoberu mu mẹe-veṇiga
gẹ mu ngụru ye iya.
22 Mekwaa gẹ nri,
ẹphe doberu l'iphu phẹ
bụru igbudu tụpyabe phẹ.
G'anụ, ẹphe gburu gude
gwaa Chileke bụkwaru
ọ́nyà nmata phẹ.
23 G'ẹnya gbahụkwa phẹ ọchii
g'ẹphe phụ-buhu ụzo.
G'okwebe nyajikwaa phẹ ẹbo;
g'ẹphe nyaa mgbaku
jasụ l'ojejoje.
24 Tukoshinụ phẹ ẹhu-eghu ngu!
Gudenụ oke ẹhu-eghu ngu
kpegbushia phẹ!
25 G'ibe phẹ bụkwaru ochobu.
G'ọ tọ dụkwa onye e-buru
l'ẹka ẹphe
kwarụ unuphu.
26 Kẹle ndu ẹphe anọduje akpa
ẹhu bụ ndu i chiru ẹchachi.
Tẹme ọ bụru ndu i mekarụ
iphe bẹ ẹphe
anọdujekwapho
epfubyishi.
27 Haa phẹ g'ẹphe mebaa
ẹjo-iphe yekọbe l'ọphu
ẹphe mewaru;
ọphu i kwekwa g'ẹphe keta

oke l'apfụbekoto nkengu.
28 G'e hufukwa ẹpha phẹ l'ẹkwo,
e deru ẹpha ndu nọ ndzụ.
Ọphu e dekwa ẹpha phẹ
l'ẹka e deru ẹpha
ndu pfụberekoto.
29 Mu daru ụkpa;
tẹme aphụ tsụbe mu ọnu.
Gụbe Chileke;
gẹ ndzọta nkengu
dobenụ mu l'ẹka ta adụdu
iphe,
e-me mu nụ.
30 Ọo ya bụ gẹ mu agụa ebvu
gude tua Chileke ẹpha.
Tẹme mu egude ebvu-ekele
kutsee ya
ọkpobe ekutse.
31 Ono bẹ a-ka Chileke atsọ
ụtso eme l'a tụru iya eswi;
ọzoo l'a tụru iya oke-eswi,
mpu iya hagbaa kẹ
phengara phengara;
tẹme ụpyi ọkpa
pheshihuchaa
ya epheshihu.
32 Ndu wozeru onwophẹ alị
hụmae ya phọ;
ẹhu atsọo phẹ ụtso.
G'obu unubẹ ndu achọ
Chileke nọdukwa ndzụ!
33 Chipfu anụmaje olu ndu
adụdu g'ọ dụ phẹ.

Tẹme ndibe iya,
a tụru mkpọro bẹ ọ
tọo gbakụtajedu azụ.
34 Gẹ ndu bu l'imigwe
yẹe ụnwu-eliphe tua
ya ẹpha!
G'ẹnyimu yẹe iphe bu l'ime
iya tụkokwapho tua
ya ẹpha!
35 Kẹle Chileke a-dzọ Zayọnu;
bya akpụkwaa mkpụkpu,
nọ lẹ Jiuda.
Ndiphe alaa ya je eburu mee
ya l'ọo-bụru iphe phẹ.
36 Ụnwu ndu ejeru iya ozi emee
ya l'ọo-bụru okiphe phẹ.
Iphe, bụkpoo ndu yeru ẹpha
iya obu bẹ e-buru
l'alị ono.

# 70

*Ebvu, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu gude nyatarụ Chipfu iphe*

1 Gụbe Chileke;
jiko menaa ẹgwegwa
bya adzọo mu!
Byanụ ẹgwegwa bya eyeru
mu ẹka; jiko Chipfu!
2 G'iphe, bụkota ndu achọ ụzo,
ẹphe e-shi gbua mu
bụkwaru ndu ee-meru

iphere kpua;
g'a tụkwa phẹ ẹberebete.
Chiphunu ndu agbaru mu ẹjo
egomunggo azụ.
G'iphere ji phẹ iphu!
3 G'e meeru ujikputeru nụ ndu
ekweru mu hẹe.
4 G'iphe, bụkpoo ndu achọ ngu
nụ bụru ndu ẹhu a-tsọ.
Ẹphe anọdu ngu l'ẹka
tee ẹswa.
Gẹ ndu ọ dụ g'a sụ l'ị dzọtaru
phẹ bụru iphe,
ẹphe akpụru l'ọnu epfu bụ:
“Unu tụa ọnu Chileke l'ọ
parụ ẹka!”
5 Obenu lẹ mbẹdua bụ onye
ụkpa bya abụru onye
adụdu g'ọ dụ iya;
mbụ l'ọo gụbe Chileke bụ
onye eyejeru mu ẹka;
bya abụru onye adzọje
mu nụ.
Jiko Chipfu; b'akpọkwa ụpfu!

# 71

1 Ọo gụbe Chipfu bẹ mu nọ
l'ẹka ezeru ndzụ.
B'ekwekwa g'e kpua mu iphu
lẹ ntụ jasụ l'ojejoje.
2 Eshinu ị bụ onye
pfụberekoto;
nafụtanu mu!
Yeru mu ẹka gẹ mu nahụ!

Gbobenụru mu nchị;
dzọo mu!
3 Bụnuru mu agbara-mkpuma,
mu a-gbabaję je
ezeeru ndzụ!
Tụnaa ekemu sụ g'a dzọo mu!
Kẹle ọo ngu bụ oke mkpuma
nkemu;
bya abụru
ụlo-mgbobuta mu.
4 Jiko Chileke mu;
gbafụta mu l'ẹka ndu
ẹjo-iphe;
mbụ l'ẹka ndu apfụbeduru
ẹka phẹ ọto;
waa ndu iwashị.
5 Kẹle ọo ngu bụ onye mu
ele ẹnya iya;
gụbe Nnajịuphu,
bụ Chileke.
Tẹme ọ bụru ngu bẹ mu
dakoberu e -shi
teke mu bụ nwata.
6 Eshinu a nwụru mu bụe ngu
phọ bụ agbarike mu.
Mu a-nọduepho etu ngu
ẹpha jasụ l'ojejoje;
noo kẹle ọo ngu kufutaru
mu l'ẹpho ne mu.
7 Ndzụ mu bụwaru ndu dụ
igwerigwe iphe-ẹtu;
obenu l'ọo l'ime ngu bẹ mu
anọduje ezeru ndzụ.

8 Eswe l'ẹnyashi bẹ mu
anọduje etu ngu ẹpha;
bya atụ ọnu g'akpabiri ngu
habe shii.
9 Jiko ba jịkakwa mu nta-a,
mu bụwaa ọgerenya-a!
Ba gbakụtakwa mu azụ nta-a,
ike bvụwaru mu-a!
10 Kẹle ndu ọhogu mu
epfukwaru mu ẹjo opfu.
Tẹme ndu domishiru
onwophẹ kwabẹ g'ẹphe
gbua mu nọdu
anọkobeje achị idzu mu.
11 Ẹphe asụje: "Chileke
jịkaakwaru iya.
Unu chịa ya gude;
kẹle ọ tọ dụekwa onye abya
iya agbaru mkpu."
12 Ba nọdukwa mu ụzenya
jiko Chileke!
Bya ẹgwegwa gụbe Chileke
nkemu;
bya eyeru mu ẹka!
13 G'iphe, bụkpoo ndu ebo
mu ibo bụkwaru ndu
iphere e-me g'ẹphe chịhu.
Gẹ ndu ono, eme g'ẹphe
meka mu iphe ono bụkwaru
ndu ee-kweru une bya
ajaa ewenu.
14 Obenu lẹ mbẹdua bụepho
l'ẹka ị nọ bẹ ẹnya

mu a-dụ.
Mu a-nọduepho aka ngu etu
ẹpha eje.
15 Mu e-gude ọnu mu pfua
ya mkpụrumkpuru
pfushia ya ike sụ
l'ị pfụberekoto;
tẹme ị nọdu adzọje nemadzụ.
Apfụbekoto ngu ono waa
ndzọta nkengu ono
habe shii
k'ọphu bụ lẹ mu ta agụtadu
iya l'ọgu.
16 Mu e-gude ike gụbe Nnajịuphu,
bụ Chileke
je epfua l'ọo ngu kpoloko
bụ onye pfụberekoto.
17 Gụbe Chileke;
i shiwaa teke mu bụ nwata
zita mu iphe!
Iphe, dụ biribiri,
iimeje bẹ mu shiẹpho teke
ono tụta ọnu iya
jasụ nta-a.
18 Nta-a, mu bụwaa ọgerenya,
ẹwó jiru ishi-a;
jiko Chileke;
ba gbakụtakwa mu azụ;
gbiriri jasụ mu
akọeberu ọgbo ọphu
abya nụ g'ike ngu
habe shii;
mbụ kọoru iphe,

bụkpoo ndu ee-mechaa
nwụa l'ọkpehu ngu
parụ ẹka.
19 Apfụbekoto ngu rwuru
akpaminigwe; gụbe Chileke;
mbụ gụbe onye ono,
meru iphe, parụ ẹka;
?Bụ onye atụru ngu;
gụbe Chileke?
20 A makwarụ-a l'i mewaru
mu;
mu jee ikpoto iphe-ẹhuka,
parụ ẹka bya adụ ẹjo ẹji;
ọle mu maru-a l'ii-mechaa
mezia ndzụ mu;
mbụ l'ii-kufuta mu
l'ime ilu.
21 Ii-me; aa-ka mu akwabẹ
ùbvù;
tẹme l'ị dụkwa mu phọ
obu ọzo.
22 Gụbe Chileke mu;
mu a-kpọ une gude tua ngu
ẹpha l'ị bụ onye apfụshije
ike l'iphe, i pfuru.
Mu e-gude ogelenda gụa
ebvu tua ngu ẹpha;
gụbe Onye dụ Nsọ
kẹ Ízurẹlu.
23 Ogbogboromọnu mu
ẹphenebo a-tụ ụzu ẹhu-ụtso
nụ ngu;
mẹ mu nọdu agụ ebvu
gude etu ngu ẹpha;

mbụ mụbe onye ị gbafụtaru.
24 Eswe l'ẹnyashi bẹ ire mu
a-nọduepho epfu iphe,
i meshiru gude goshi
l'ị pfụberekoto;
kẹle ndu shi achị mu lẹ njọ
bẹ a jaru ewenu;
tẹme e mee; iphere ji
phẹ iphu.

# 72

*Ebvu, Sólomọnu deru*

1 Jiko Chileke;
menaa g'eze kpeje ikpe
g'iikpeje!
Menaa gẹ nwatibe eze
pfụbe-ẹka-ọto g'ị pfụberu!
2 Ọo ya bụ g'o kpeje ndibe
ngu ikpe, pfụru ọto;
mbụ hajẹru ndu aakpa ẹhu
enge nhamụnha.
3 Iphe, e-shigba l'oke úbvú
abyaru ụnwu-eliphe
a-bụru ẹhu-guu.
Ọ bụkwarupho ẹhu-guu ono
e-shigba l'ụnwu úbvú.
Ọ bụru iphe, a-kpa iya nụ bụ
apfụbekoto onoya.
4 Ndu eeme ewere,
bu l'echilabọ ọha
bẹ ọo-harụ enge;
l'ọ dzọta ụnwegirima ibe ndu

adụdu g'ọ dụ phẹ;
zọpyashia ndu eme phẹ ewere ishi.
5 Ẹphe a-nọdu atsụ ngu ebvu jasụ g'ẹnyanwu;
waa ọnwa a-nọberu;
mbụ e -shi l'ọgbo sweru ọgbo.
6 Ọo-dụ g'ẹka mini edze l'eli ọsu, a sụru asụsu;
mbụ g'ẹka igwe ayọru mgboko ẹyo mini.
7 Teke ọo-bụru eze ono bẹ ndu pfụberekoto a-jà àjàjà.
Ẹhu-guu a-tụko ẹkameka sweta;
mbụ nọo gbiriri jasụ teke ọnwa a-fubuhu l'eliphe.
8 Ọo-bụru eze ndu shi l'eze-ẹnyimu ọwa-a bua jasụ l'eze-ẹnyimu ọphuu;
mbụ ndu shi l'ẹnyimu Yufurétisu bua jasụ l'ẹka igwe beru alị beru.
9 Ndu bu l'echiẹgu a-bya ephozeru iya;
tẹme ndu ọhogu iya etsua ọnu l'ẹja.
10 Ndu eze ndu Tashishi mẹ ndu bukube eze-ẹnyimu anọdu atụ akịriko anụ iya.
Ndu eze ndu Sheba yẹe kẹ ndu Seba
a-nọdukwapho egudeje

iphe-ọma abya ibe iya.
11 Ndu bụkotakpoo eze
mgburugburu l'e-phozeru iya.
Ọhamoha l'ophu e-jekọtaru
iya ozi.
12 Kẹle ndu adụdu g'ọ dụ phẹ
-raku iya bẹ ọo-dzọta phẹ;
mbụ ndu iphe-ẹhuka byaru;
ọphu ẹphe enwedu onye
gbaru phẹ mkpu.
13 Ndu ike adụdu;
mẹ ndu adụdu g'ọ dụ phẹ
bẹ ọo-phụru obu-imemini;
bya adzọta phẹ mee
g'ọnwu te egbu phẹ.
14 Ọo-gbafụta phẹ l'ẹka ndu
emekpa phẹ ẹhu;
waa l'ẹka ndu eme
phẹ mkpawere;
noo kẹle mee phẹ bẹ ọ
gụberu iphe.
15 Gẹ ndzụ ogologo
bụkwaru nkiya!
G'e gwekwarụ mkpọla-ododo
ndu Sheba nụ iya g'ọ
bụkotaru nkiya!
Gẹ ndiphe pfujekwaru opfu
ẹhu iya nụ Chileke!
Tẹme ẹphe agọjekwarupho
ọnu-ọma nụ iya
mbọku-mbọku!
16 G'iphe, a kụru l'opfu sọkwaa
kpukakpuka l'alị-a!

Gẹ phẹrephere zikwa mee ẹkwo
iphe,
a kọberu akọbe l'eli úbvú
g'ọ tụa ụzu; g'ẹkwo oshi,
pfụgbaru l'úbvú
úbvú Lébanọnu!
Gẹ nemadzụ zụshikwa bụru
ẹswa l'igu lẹ
mkpụkpu ono!
17 G'ẹpha iya nọdukwa jasụ
l'ojejoje.
G'ụ́dù iya jedzukwaru
ẹkameka g'ẹnyanwu.
Ọhamoha bẹ aa-gbẹ iya l'ẹka
gọru ọnu-ọma nụ;
tẹme ọha l'ophu ekua ya
onye a gọru ẹhu-ụtso nụ.
18 G'ajaja bụru kẹ Chipfu,
bụ Chileke;
mbụ Chileke kẹ ndu Ízurẹlu;
onye bụe ya phọ
kpoloko emeje iphe,
dụ biribiri.
19 G'ajaja bụkwarupho k'ẹpha iya
ono, dụ biribiri ono
jasụ lẹ tuutuutuu
lẹ mịimiimii!
G'ogbunwịinwii ya tụkokwa
mgboko l'ophu sweta!
Nokwa g'ọ dụ; bya abụru g'ọ dụ!
20 Nokwa mkpọchi-ishi epfupfu,
Dévidi nwa Jiesi pfuru
nụ Chileke.

# 73

*Ebvu-ọma, Asafu deru*

1 Gẹ mu gbua ya tororo;
Chileke dụkwaru ndu
Ízurẹlu ree;
mbụ ndu ono,
obu phẹ gụru ìphóró.
2 Obenu lẹ mbẹdua bẹ ọ
phọduru nwanshịi
mẹ ọkpa echifu mu;
mbụ l'ọ phọduru nwanshịi
mẹ mu ta adụhe ike
pfụru l'iphe, mu pfụru;
3 ẹka mu watarụ ejiru ndu
etu onwophẹ ẹpha ijiẹnya;
kẹle mu hụmaru lẹ ndu
ẹjo-iphe bẹ ẹhu dụ guu.
4 Ọ tọ dụdu iphe,
atsụ phẹ l'ẹhu.
Ẹhu dụ phẹ ree;
tẹme ẹphe shihu ike.
5 Ọphu ọ dụdu iphe,
atsụ ndu ọzo l'ẹhu atsụje
phẹ l'ẹhu; ọphu ẹhu,
emeje ndiphe emedu phẹ.
6 Ọ bụru iphe ono meru g'o
gude eku-onwonye bụru
ọleka, ẹphe woru tụkpoo
onwophẹ l'olu.
Eme nemadzụ mkpawere
bụru uwe, ẹphe eye l'ẹhu.
7 Ẹphe daa okporokpo jasụ

ẹnya rịbachaa phẹ arịba.
Tẹme ẹjo-idzu ji phẹ ọkpoma
ebushihu ebushihu.
8 Ẹphe egudeje ẹjo opfu aja
nemadzụ ewenu.
Ẹphe anọduje etu onwophẹ
ọphushugbu;
tẹme ụja, ẹphe anọduje
abọ bụerupho g'ẹphe
e-me mee ndu
ọzo ewere.
9 Ẹphe anọduje epfuru Chileke,
bu l'imigwe ẹjo opfu.
Ire phẹ nọdu eje
phururugbadaa
l'eliphe.
10 Noo iphe, meru g'o gude
ndibe mu ghakọbe
tsoru phẹ;
bya atụko iphemiphe,
shi phẹ l'ẹka ngụru
ye l'ẹpho wutukumu.
11 Ẹphe nọdu asụje: “?Dẹnu
gẹ Chileke e-shi maru?
Ọkalibe-kakọta-shii;
?ọ dụru ọphu ọ maru?”
12 Waa gẹ ndu ẹjo-iphe dụ baa:
Ọ tọ dụdu iphe, erwuje
phẹ l'ẹhu;
tẹme ẹku nọdu
anọduje abyaru
phẹ gbụkugbuku.
13 Sụ-a; mbẹdua, sụru lẹ mu

e-me obu mu g'ọ gụa
ìphóró bụkwa
onye-eswe bẹ mu bụ.
Mbụ l'ẹka mu kwọru
l'iswi-ọdumma
tụkochaa bụru iphe-mmanụ.
14 Kẹle ọ tọ dụdu mbọku-mbọku
a taa nụdu mu aphụ;
tẹme ọphu ọ dụdu mbọku,
mu nọghajeru
g'iphe-ẹhuka ta
adapfuta mu.
15 Ọ mẹ mu -jeru epfugbua g'ọ
dụ mu;
mẹ ọ -bụkwaru mgbamu
bẹ mu agba ọgbo ọwa-a,
bụ ụnwu Chileke-a.
16 Ọobujeru; mu -jee eme g'iphe
ono kabẹkpoo doo mu
ẹnya ilile;
ọ gbẹ kabaa mu nụ
egburwashị ẹhu;
17 gbiriri jasụ mu bya abahụ
l'ụlo Chileke, dụ nsọ.
Ọ bụru ẹka ono bẹ mu nọ;
o doo mu ẹnya;
mbụ iphe, e-mechaa
nwụaru phẹ nụ.
18 Sụ-a; iiwojeru phẹ dobe
l'ẹka echi ẹturu;
gbahaa phẹ ẹka;
ẹphe abya adaa
l'alị mebyishihu.

19 Ọ tọ dụdu g'ọo-nọ-bejeru;
ẹphe abụru okorobo
iphe.
L'e yee phẹ ebvu jasụ l'a zata
phẹ wụshia.
20 Ẹphe adụje gẹ nrwọ, a rwọru;
o -be l'ụtsu a zọhaa ya.
Nokwaphọ g'ẹphe achịhuje
l'iphu gụbe Chipfu
m'ị gbalihu.
21 Teke ono, mu shi agụ aphụ ono;
mbụ teke ono, aphụ shi
tsọru ime obu mu ono;
22 bẹ mu shi bụru onye-eswe,
amadụ onwiya ẹkicha.
Tẹme mu shi dụ
g'anụ-ẹgbudu l'atatiphu ngu.
23 Obenu l'ịinodujee mu phọ
ntse tekenteke.
I setaẹru mu phọ l'ẹkutara
gudeshia.
24 Ọo ẹpho g'ị chịru idzu
l'ịi-nọdu edu mu bụ
g'ịinoduje edu mu;
k'ọphu bụ e -mechaa;
g'i duru mu laa
l'o-gbu-nwịinwii nkengu.
25 ?Bụ onye bẹ mu nwebaru
l'imigwe,
abụdu gụbedua?
Eshinu mu lẹ ngu nọ ta
adụekwa iphe, nọ l'eliphe;
agụkwadu mu ẹgu.

26 Ike abvụje mu l'ogwẹhu
bvụ mu l'obu;
obenu l'ọo Chileke bụ onye
agbatajẹ mu ike l'ime obu.
Ọ bụru iya bụ okiphe mu jasụ
l'ojejoje.
27 Ndu nọ ngu ẹnya a-bụru
mkpurupyata;
l'i mebyishia ndu i gudedu
ire phẹ ẹka.
28 Obenu lẹ mbẹdua bẹ ẹhu
anọduje atsọ ụtso lẹ mu
nọ-kube Chileke;
mbụ lẹ mbẹdua wowaru
Nnajịụphu, bụ Chipfu;
mee ẹka mu a-nọduje
ezeru ndzụ.
Ọo ya bụ lẹ mu e-gude ọnu
mu kọkota iphe,
dụ ree, iime l'ẹhu mu.

# 74

*Ẹ́vù, Asafu kwarụ*

1 Gụbe Chileke; ?dẹnu g'o gude
ị jịka anyi jasụ l'ojejoje?
?Dẹnu g'o gude oke
ẹhu-eghu ngu nọdu akpụ
tụutuutuu l'iphu igwe atụru,
iiche echeche?
2 Nyatakwa igwe ọha ono,
ị zụruro teke dụ ẹnya
ẹnya ono;
mbụ ọkpa-ipfu ono,

ị gbatarụ l'itumo mee phẹ;
ẹphe bụru okiphe ngu ono.
Nyatakwaphọ úbvú Zayọnu
ono, i bu ebubu ono.
3 Shikpọdapho ụzo ono hụma
g'e mebyishibeberu iya;
mbụ ẹjo-iphe, ndu ọhogu
ngu meru ọ nwụaru
ụlo ngu ono, dụ nsọ ono.
4 Ndu achị ngu lẹ njọ
wụbatakwaru
l'ụlo-ndzukọ ngu;
bya agbọru ọgboo kpua ya.
Ẹphe woru èchíi kpọbe
iya gude goshi l'ọ
kalẹru phẹ.
5 Ẹphe nọdu eme g'onye pa
ogbunkụ tsoru ẹgbudu
ẹgbudu; egbutsushi iphe,
bụkpoo oshi, ọ hụmaru.
6 Iphe, bụkpoo iphemiphe,
a pyịru apyịpyi
b'ẹphe gude ogbunkụ gude
ọngu kụkposhichaa
akụkposhi.
7 Ụlo ngu, dụ nsọ b'ẹphe
nwụru ọku yee o tsua
tsurwua alị.
Ẹphe woru ẹka ono, ị hụtaru
g'ọ bụru ẹka ii-buru
eburu ono pharwụshia.
8 Ẹphe nọdu epfuje l'ime
ọkpoma phẹ sụ:

“Anyi e-mebyishichaa
ya g'ọ hakọtakpoo!”
Ẹphe tụko ẹkameka,
e shi anọduje abarụ
Chileke ẹja tụkota
ọku o tsua ya tsufu.
9 Ọphu ọ dụdu iphe-ọhubama,
dụ biribiri,
eemejekwaduru anyi;
tẹme ọphu ọ dụedu
ndu mpfuchiru phọduru nụ;
ọphu ọ dụdu g'ọ ka
mma l'ọo onye lanụ
l'echilabọ anyi,
maru g'ẹgube iphe
ọwa-a l'a-nọ-beru.
10 ?Ndu ọhogu ngu a-nmakpọo
ngu phulaphula jasụ
teke ole gụbe Chileke?
?Ndu ị dụ ashị egudewarọ
epfubyishi ẹpha ngu
jasụ l'ojejoje tọo?
11 ?Bụ gụnu kparụ iphe,
iisela ẹka ngu azụ;
mbụ ẹkutara ngu?
Chịfuta ẹka l'iphu ụtapfu
gude mebyishia phẹ.
12 Obenu l'ọo gụbe Chileke
bụ eze nkemu,
e -shi l'edenwede.
Ọo ngu byaru adzọo
ụnwu-eliphe.
13 Ọo gụbedua gude ike

ngu chiwaha
eze-ẹnyimu ẹbo.
Ẹjo-anụ, bu lẹ mini b'i
chikpọshicharu
ishi echikpọshi.
14 Ọo gụbedua zọpyashiru
ẹjo-oke-agiyi ishi;
woru iya nụ anụ,
bu l'echiẹgu g'ọ bụru
nri iya.
15 Ọo gụbedua gbafushiru
ọgba yẹe nggele;
mini shi iya sọshihu.
Ị bya amịchata mini lẹ
ẹnyimu,
asọ gborogboro.
16 Eswe bụ nkengu;
ẹnyashi bụru nkengu.
Ọ bụru ngu meru ẹnyanwu
yẹe ọnwa dobe;
ẹphe keru jịmujimu.
17 Ọo gụbedua tubuhawaru
ẹka oke alị a-kpagbaa
lẹ mgboko-a mgburugburu;
bya edobe ọnanwu
dobe udzumini.
18 Nyatakwa gẹ ndu ọhogu
ngu chiberu ngu
ọchi Chipfu;
mbụ gẹ ndu-eswe
pfubyishiberu
ẹpha ngu.
19 B'e wokwaru ndzụ

nwa-ndo-nwẹnu
ngu woru ye l'ẹka
ẹjo anụ-ẹgbudu!

Ba zọhakwa ndibe ngu,
bụ ndu eje iphe-ẹhuka.

Ba hakwa phẹ g'ẹphe nọdu
iya nno ojejoje!

20 Nyatakwa ọgbandzu anyi
lẹ ngu;
noo kẹle mkpawere
dụkwa l'iphe,
bụkpoo ẹka agba ọchii l'alị-a.

21 B'ekwekwa gẹ ndu eemekpa
ẹhu gude iphere
tsuphu azụ.

Gẹ ndu ụkpa mẹ ndu adụdu
g'ọ dụ phẹ janaa ẹpha
ngu ajaja!

22 Gbalihunụ gụbe Chileke
pfua l'ọnu onwongu!

Nyatakwa gẹ ndu eswe
eshije l'ụtsu chịa ngu
ọchi jasụ nchi ejihu.

23 Ba zọhakwa hanyịhanyi,
ndu achị ngu lẹ njọ aba;
mbụ wọowoowoo,
ndu wulihuru etso ngu
opfu atụ mkpụrumkpuru
sekpu ngu.

# 75

*Ebvu-ọma, Asafu deru nụ onye-ishi ebvu; ishi ebvu iya bụ "B'ekwekwa gẹ mu laa l'iyi"*

1 Anyi ekele ngu ekele gụbe
Chileke;
anyi ekele ngu ekele.
Ndu eku ẹpha ngu atụ ọnu
iphe, dụ biribiri,
iimeje.
2 Ọo gụbedua, bụ Chileke sụru:
"Mu dobewaru teke mu e-kpe ikpe;
kpee ya nhamụnha.
3 Teke eliphe l'ophu; mẹ iphe,
bụ ndu nụ iya nụ
anma jiijiijii;
bụ yẹbedua bẹ egudeje itso
iya gudeshia ya ike.
4 Ndu eku onwophẹ bẹ ya
asụje: Unu hanaa
eku onwunu!
Ya asụ ndu ẹjo-iphe: Unu ta
malihẹ mpu unu imeli!
5 Unu ta amalishiru
igwe mpu!
Unu te ewoshinuru olu
pfụbe kanganaa
asa kpaakpaa!"
6 Ekutse amadụ te eshidu
l'ụzo ẹnyanwu-awawa;
ọphu o shidu l'ụzo
ẹnyanwu-adada;
ọphu o shikwaphọ

l'ụzo echięgu.
7 Ọo Chileke bụ onye
ekpeje ikpe.
Ọo ya ekudaję onye ọwa-a;
l'o kutsee onye ọzo.
8 Chipfu pa okoro l'ęka.
Iphe, jiru iya nụ bụru mẹe,
ata kpịtikpiti, adụdu iphe,
e yedụru iya gude mee
ya o shihu ike.
Ọ nọdu abụjeru;
a -nọnyaa l'ọ wụshia ya.
Iphe, bụ ndu ęjo-iphe,
kụru l'eliphe angụa ya
jasụ l'ọ bvụ.
9 Obenu lę mbędua a-nọdu
ete ęswa jasụ
l'ojejoje.
Mu a-nọduepho agụ
ebvu etu Chileke kę
Jiékọpu ępha.
10 Mu a-swọshicha ndu
ęjo-iphe mpu,
ęphe gude eme ike;
wolia mpu kę ndu
pfụberekoto g'ọ
pfụru kanganaa.

# 76

*Ebvu-ọma, Asafu deru nụ onye-ishi ebvu; g'a kpọru une ye iya*

1 Chileke bẹ a maru amaru
lẹ Jiuda.
Ẹpha iya tụkowaru alị
Ízurẹlu ngakọta.
2 Ẹka ụlo iya nọ bụ lẹ Salemu.
Ẹka o bu ebubu bụru l'úbvú
Zayọnu.
3 Ọo l'ẹka ono bẹ ọ nọ
gbakwoshia apfụ,
enwu ọku, ndu ọhogu iya
shi agba.
Ọ bya anyakwoshikwaphọ
ogu-echi phẹ; waa iphe,
ẹphe shi egbobeje
gude zeeru onwophẹ;
mẹkpoo iphemiphe,
ẹphe shi egudeje alwụ ọgu.
4 Onye akpabiri bẹ ị bụ.
Ị dụ biribiri dụghata
úbvú úbvú, bụ iphe,
jiru iya nụ bụ anụ-ẹgbudu.
5 Ndu gbaru mkparawa bẹ a
kwawaru iphe phẹ ọkwata.
Ẹphe kua mgbẹnya ikpazụ phẹ;
ọphu ọ dụdu ndu ọkpehu
dụ m'onye lanụ,
dụru ike mee ẹka ụkporo.
6 Gụbe Chileke kẹ Jiékọpu;
ọ bụ-a mba bẹ ị barụ phẹ;
ịnya phẹ;
waa ụgbo-ịnya phẹ
l'ophu keshiru l'ẹka lanụ.
7 Ọo ngu nwẹkinyi ngu bẹ ọ

gbaru g'a tsụje ebvu.
?Bụ onye a-dụ ike pfụru pfụshia
ike l'iphu ngu m'ẹhu wata
ngu eghu eghu?
8-9 Gụbe Chileke;
teke ị gbalihuru g'i
kpee ikpe;
shi nno dzọta ndu aakpa
ẹhu l'eliphe;
bẹ ị nọ l'imigwe
bua ikpe.
Alị tsụhu ngu ebvu
daa nyọnyoronyo.
10 Ọo ya bụ l'ọobujeru;
i -tukoshi ndiphe
oke ẹhu-eghu ngu bẹ
aagbẹjenu tuahaa
ngu ẹpha.
Nwa ndu ọphu ẹhu-eghu
ngu ọbu haphodoru
abụru ndu akpọ
egomunggo ọkpolohu.
11 Ọ -bụru l'unu rifuru Chipfu,
bụ Chileke unu angụ
sụ l'ọwa-a iphe,
unu e-meru iya;
unu wotakwa iphe ọbu
bya emeẹbekota iphe,
unu kweru ukwe iya.
G'iphe, bụkpoo ndu
bupheru phẹ
mgburugburu wota iphe-ọma;
bya emeeru onye lanụ ono,

gbaru g'a tsụje iya
ebvu ono.
12 Oogwerishije ọkpoma
ndu-ishi egwerishi.
Ndu eze ụnwu-eliphe
nọdu atsụ iya ebvu.

## 77

*Ebvu-ọma, Asafu deru nụ onye-ishi ebvu, bụ Jiedutunu*

1 Mu chikuru Chileke lẹ mkpu
g'o yeru mu ẹka.
Mu chikuru Chileke
sụ g'ọ nụma olu mu;
ọ nụma olu mu.
2 Teke mu eje iphe-ẹhuka
bẹ mu chọru
Nnajịụphu.
Ẹnyashi ophu bẹ mu
chilikọtaru ẹka imeli
epfu anụ Chileke;
ọphu ike abvụduru mu.
Tẹme ọphu obu mu ekwedu
g'a dụta iya adụta.
3 Mu nyatarụ gụbe Chileke bya
atsụa ude.
Obu mu bya ebvuru shii
rịkota ọriri jasụ ike
bvụ mu.
4 I meru ọphu mgbẹnya
atụduru mu.
Iphe ono tsụtabe mu l'ẹhu
k'ọphu ọ kpọru mu opfu.

5 Mu bya egude egomunggo
bya elee ẹnya lẹ teke
ndiche; mbụ apha,
dụkpowaa ẹnya ẹnya.
6 Mu bya anyata ẹgube ebvu,
mu shi anọduje agụ
l'ẹnyashi.
Mu bya ebvuru shii rịkota
ọriri mkpụrumkpuru.
A nọnyaa; mu jịa obu mu sụ:
7 “?Nnajịuphu a-jịkawaro anyi
jasụ l'ojejoje tọo?
?Tọ dụkpoedu teke ọo-nọnya
l'o goshi l'anyi dụ iya-a l'obu?
8 ?Ọ pfụru lẹ n-yemobu iya
ono te erwubaẹdu
anyi ẹka jasụ l'ojejoje tọo?
?Ọ dụ g'ọ tọ byaẹdu
emebaru anyi iphe,
o kweru ukwe lẹ ya
e-meru anyi tọo?
9 ?Chileke zọhawaru
obu-imemini nkiya tọo?
?Ọ dụ g'ọ vụwaru ọvuma
sụ lẹ ya taa phụeduru
anyi obu-imemini?”
10 Tọbudu iya bụ; mu sụ:
“Waa iphe,
kachakpọo mu atsụ
l'ẹhu baa.
Ọle mu anyata teke
Ọkalibe-kakọta-shii
ono shi egudeje

ẹkutara iya eme ike.”
11 Mu a-nyata iphe-kpaakpaa,
Chipfu shi emeje;
mbụ lẹ mu a-nyatakọta
iphe, dụ biribiri, i shi emeje.
12 Mu e-bvuru shii rịa ọriri l'iphe,
i mekọtaru teke ono.
Mbụ Ọkalibe ọka-ngo,
i shi emeje teke ndiche
bẹ mu a-rivucha l'ọriri.
13 Gụbe Chileke; ụzo ngu dụ nsọ!
?Dẹnu agwa, habe shii gẹ
Chileke anyi?
14 Ọo ngu bụ Chileke,
emeje ọhumalenya.
Iimeje gẹ ndiphe hụma g'ike
dụ-be ngu.
15 I gude ọkpehu ngu gbafụta
ndibe ngu;
mbụ gbafụta oshilọkpa
Jiékọpu yẹe Jiósẹfu.
16 Sụ-a; mini hụmaru gụbe
Chileke;
mbụ l'ẹnyimu,
asọ asọso hụmaru ngu;
ndzụ rwuta iya;
tẹme ogbumini nmahụchaa
pyaapyaapyaa.
17 Igwe dzeru mini;
akpaminigwe
raa gbagbagba;
tẹme ebemu-igwe nọdu alọ
phaaphaa l'ẹkameka.

18 A nụmaru ọda egbigwe,
ịitu l'echi oke phẹrephere.
Ebemu, ịilo phaaphaa bụru
ìphóró, e gude ahụma
ụzo l'eliphe;
Alị l'ophu tsụhu ebvu;
nmahụ jiijiijii.
19 Ị tọgboru gbororo l'echi
eze-ẹnyimu.
I shijaru eze-ogbu-ẹnyimu,
parụ ẹka ghata;
ọphu ọ bụdu l'a hụmaru
ẹka ị zọru ọkpa.
20 Ị gbẹ l'ẹka Mósisu yẹe Erọnu
dua ndibe ngu g'onye
edu atụru.

# 78

*Ẹ̀vù, Asafu kwarụ*

1 Unubẹ ndu mu; unu nụma
iphe, mu ezi!
Unu ngabẹ nchị nụma opfu,
shi mu l'ọnu!
2 Gẹ mu bya asaa ọnu nmarụ
ẹtu nụ unu;
gẹ mu bya avọshichaa opfu,
e domiru edomi e -shi
teke ndiche.
3 Iphe ono bụ iphe,
anyi nụmajehawaru;
bya abụru iphe, anyi maru.
Ọ bụ iphe, nna anyi oche phẹ
shi akọjehawaru anyi.

4 G'ike Chipfu habe shii;
teme waa iphe,
gbaru k'etu ẹpha; yẹe iphe,
dụ biribiri,
o mekọtaru bẹ anyi te
edomiduru ụnwu phẹ edomi;
Anyi e-pfucharu iya ọgbo
ọphu dụkwadu l'iphu.
5 O doberu ụnwu Jiékọpu
omelalị, ẹphe e-tsoje;
bya atụa ekemu dobe;
ọ ngụru angụru l'alị Ízurẹlu;
bya akaru ndiche anyi phẹ
g'ẹphe zikwaa ya
ụnwegirima phẹ.
6 K'ọphu ọgbo ọphu abya nụ
a-maru iya;
mbụ ndu ọphu e teke
anwụkpodaa nụ anwụnwu.
Ẹphebedua egudekwa iya phọ
zia ụnwu nkephẹ.
7 Ọo ya bụ g'ẹphe akpọru obu
ye lẹ Chileke.
Ẹphe ta azọhaedu iphe,
o meshiru.
Ẹphe edobedzua ekemu iya
g'ọ ha.
8 Ẹphe ta adụedu gẹ nna phẹ
oche phẹ shi bụru ọgbo ẹjo
ọkpoma; bụru ọgbo,
kwefuru Chileke ike;
mbụ ọgbo, adụdu teke obu
phẹ ngụjeru angụru l'ẹka

Chileke nọ;
tẹme ọphu ọ dụdu teke ẹphe
pfụshijeru ike l'iphu iya.
9 A makwarụ-a l'unwoke
Ifuremu gude apfụ kwaa
onwophẹ ngwọgu;
obenu l'ọgu tsuru;
ẹphe ye ọkpa l'ọso
gbalachaa.
10 Ọgbandzu ẹphe lẹ Chileke
bẹ ẹphe mebyiru;
ọphu ẹphe emeduru
kụnyabe iphe,
ọ tụru l'ekemu.
11 Ẹphe zọhaa iphe,
Chileke meshiru;
mbụ iphe, dụ biribiri,
o meshiru goshi phẹ.
12 O meshiru iphe,
dụ biribiri l'iphu nna
phẹ oche l'alị Ijiputu
lẹ mgbẹgu Zowanu.
13 Eze Ẹnyimu bẹ o keru
ẹbolechiko dua phẹ dughata.
O mee mini; ọ kpụa
oronmono g'igbụlo.
14 Iphe, o gude dua phẹ l'eswe
bụ urwukpu;
bya egude ìphóró ọku
dua phẹ l'ẹnyashi
mbọku-mbọku.
15 Agbara-mkpuma bẹ ọ
gbajaharu ẹbo l'echiẹgu;

shi l'ẹka ono nụ phẹ mini,
dọru nyịmunyimu
g'oke-ẹnyimu.
16 Ọ bụru ẹka mkpuma gbaru
ọru bẹ o meru;
mini sọshihu sọaha
gborogboro gẹ nggele.
17 Obenu l'ẹphe emeẹle iya-a
iphe-ẹji.
Ẹphe nọele-a l'echiẹgu ono
ekwefụru
Ọkalibe-kakọta-shii ike.
18 Ẹphe lekebekpọo ẹnya wata
ahụ Chileke ama;
mbụ kebekpọepho g'ọ
nụ-dzujeru phẹ ụdu nri,
agụ phẹ nụ.
19 Ẹphe pfuaru Chileke ẹjo opfu
sụ:
“?Bụ gẹ Chileke adụ ike zụa
anyi l'echiẹgu-a?
20 Teke o chiru iphe
l'agbara-mkpuma
bẹ mini shi iya sọshihu;
nggele bụru gborogboro.
Ọle ọ bụ; ?bụ g'ọo-dụfua ike
nụ anyi nri?
Tọo ?ọo-dụfukwapho ike nụ
anyi anụ?”
21 Chipfu -nụmae ya phọ;
ẹhu ghua ya oke eghu.
O woru onwu taphutaphu
ọku kpọberu Jiékọpu;

mbụ woru oke
ẹhu-eghu iya doberu
ndu Ízurẹlu.
22 Kẹle ẹphe te ekwetadụru
lẹ Chileke dụru iphe,
ọ bụ;
tẹme ọphu ẹphe
ekwetakwarụpho
l'ọo-dụ ike dzọo phẹ.
23 Obenu l'ọ sụru akpaminigwe
l'ọwa-a iphe, oo-me;
o mee ya;
tẹme ọ gụhashia ụzo
imigwe;
24 bya edzeeru ndu Ízurẹlu nri
ono, bụ mana gẹ mini.
Ọ bụru akpụru-iphe,
shi l'igwe bẹ ọ nụru phẹ
ẹgube ono.
25 Amadụ ria nri ụnwu imigwe.
Chileke nụ-dzukọtaru phẹ nri,
sụru phẹ eriri.
26 Phẹrephere, eshije l'ụzo
ẹnyanwụ-awawa bụ
yẹbedua tụharu iya ụzo
imigwe; ọ wata ezizi.
Nokwaphọ g'o gude ike iya
nwuhaa ọphu eshije
l'ụzo ndọhali; ọ wata ezizi.
27 Anụ, aata atata b'o dzeru
phẹ;
ọ nọdu etsu
gbiigbiigbi g'udzu,

nọ l'alị.
Ẹnu, ephe l'eli bẹ o nwuru nụ
phẹ;
ọ ghakashịhuru phẹ g'ẹja,
kụru l'agụga ẹnyimu.
28 O mee; ẹphe phebatachaa
l'ẹka ẹphe dọru.
Ụlo-ẹkwa phẹ bẹ o shi
anọdujecha ephephe
mgburugburu.
29 Ẹphe ria nri jasụ ẹpho
jigharu phẹ ẹka;
kẹle ọ nụru phẹ iphe,
agụ phẹ nụ.
30 Ọle ẹphe byaru erighe nri
ono, shi agụ phẹ nụ ono;
mbụ l'ẹphe kpụkwadu
iya l'ọnu;
31 Chileke watawaa phẹ
atukoshi oke ẹhu-eghu
iya.
Ọ tụkoepho ndu kachaa
okporokpo l'echilabọ
phẹ gbushia;
mbụ l'ọ tụkoru
ụnwokorobya Ízurẹlu
ono mebyishia.
32 O mechakpọkwa phẹ ẹgube
ono;
ẹphe nọdu
emekwaphọ iphe-ẹji.
O mechakpọoru phẹ
iphe-ọhumalenya ono;

ọphu ẹphe ekwekwaphọ
l'ọ dụru iphe,
ọ bụ.
33 Noo g'o gude o mee ndzụ phẹ
chịhu g'udzu ọnu;
bya egude keteketekpaa
mebyia ndzụ phẹ.
34 Teke ọ haẹru phẹ phọ
gbushia;
ẹphe agbẹ teke ono
chọahaa ya;
mbụ ẹphe alwụkorohu
dakọbe;
ghaaru iya iphu ọzo
lwapfuta iya.
35 Ẹphe anyata lẹ Chileke shi
bụru agbara-mkpuma phẹ;
l'ọo Chileke ono,
bụ Ọkalibe-kakọta-shii
ono bụ onye
gbafụtaru phẹ nụ.
36 Ọle ẹphe gude ọnu phẹ aja
iya ewenu;
mbụ l'ẹphe gude ire phẹ
adzụru iya ụka.
37 Obu phẹ ta anọdu l'ẹka ọ nọ;
ọphu ọ dụdu teke ẹphe
pfụjeru pfụshia ike
l'ọgbandzu ẹphe l'iya.
38 Ọle Chileke aphụjele-a
obu-imemini gụaru
phẹ nvụ l'ẹjo-iphe ono,
ẹphe anọduje emegbabẹ ono;

ọphu o mebyishiduru phẹ.
Ugbo olemole bẹ ọ
lọ-phuchawaru
ẹhu-eghu iya azụ;
ọphu ọ tụkoduru oke
ẹhu-eghu iya ono g'ọ
ha wụa phẹ l'ishi.
39 Ọ nọdu anyatajẹ l'ẹphe bụ
anụ-ẹhu;
l'ẹphe bụ phẹrephere,
ezi ezizi,
ete eziphujehẹdu azụ
m'o zighatawa.
40 Ugbo olemole bẹ ẹphe
kwefuwaru iya ike
teke ẹphe eje l'echiẹgu;
mbụ kpatsu iya iwe l'alị,
dabyiru mgbegere.
41 Tekenteke kpọo bẹ ẹphe shi
anọduje ahụ Chileke ama.
Ẹphe shi anọduje eme Onye
dụ Nsọ kẹ ndu Ízurẹlu
iphe ẹhu-eghu.
42 Ọphu ẹphe anyataẹduru
ọkpehu iya ono;
mbụ ọkpehu ono,
o gude gbafụta phẹ l'ẹka
ndu shi eme phẹ mkpawere ono;
43 bụ iya bụ mbọku, o meru;
a hụma-dzuru iphe,
dụ biribiri,
o meru lẹ Ijiputu; mẹ iphe,
dụ ebvu, o meshiru lẹ

mgbẹgu Zowanu.
44 O meru nggele nggele phẹ;
ọ ghọshia mee.
O mee ọphu mini,
dọru l'ẹnyimu adụdu
k'angụngu.
45 Ọ chịru ijiji ye;
ọ tụru wowowo bya
anụa phẹ chịipfuu;
bya achịru mbara ye;
o mebyishia alị phẹ.
46 Iphe, ẹphe kụru l'alị bẹ ọ
chịru ịnyarinya yee;
ọ tapyashịa;
bya achịru igube yeru ndu
ọphu mịru amịmi;
ọ tafụ iya.
47 Oshi sịkamo phẹ bẹ o gude
akamini tụpyashia;
bya egude iji ụguru
mebyishia akpụru
vayịnu phẹ.
48 Eswi phẹ bẹ o gude ẹjo
akamini ono tugbushichaa;
bya egude ire egbigwe
tugbushikọta
iphe-edobe phẹ g'ọ ha.
49 Ọ tụko oke ẹhu-eghu
iya g'ọ ha vuru byabẹ
phẹ l'ishi.
Ọ chịta ụnwu-ojozi-imigwe
ye g'ẹphe je
emeghe nkephẹ.

50 Ọ tọru ẹhu-eghu iya ono
owere;
ọphu ọ machịduru ẹka
iya nafụta phẹ g'ẹphe
ta anwụhu.
O woru phẹ haarụ ẹjo
iphe-ememe g'o
meghee nkephẹ.
51 Iphe, bụkpoo ndu bụ ọkpara
l'alị Ijiputu bẹ o
gbukọtaru egbugbu;
mbụ mebyishichaa nwa,
vuru ụzo kpọo
onyemonye iphu
l'alị Hamu.
52 Obenu lẹ ndibe iya bẹ ọ tọru
nwẹhu rwua g'onye erwu
atụru rwufuta;
bya echee phẹ g'eecheje
atụru-a gude
dughaa echiẹgu.
53 O dukpọeru phẹ phọ chiriri
werere; gẹ ndzụ ba gụ phẹ;
obenu lẹ ndu ọhogu iya
bẹ ọ harụ;
eze-ẹnyimu rigbushikọta.
54 Tọbudu iya bụ;
o dua phẹ durwua ẹka
bụ oke alị iya, dụ nsọ;
mbụ durwua phẹ l'úbvú
ono,
o gude ẹkutara iya
lwụta ono.

55 Ọ chịa ndu ọhozo
ịkpabaka chịfuchaa
l'iphu phẹ;
bya eworu alị phẹ keeru
ndu Ízurẹlu g'ọ bụru
okiphe phẹ.
O chịru ọkpa-ipfu Ízurẹlu ye;
ẹphe buchishia alị
phẹ ono.
56 Ọle ẹphe mechaẹleru-a
hụa Chileke ama;
bya ekwefụru
Ọkalibe-kakọta-shii ike;
mekọta iphe, bụkpoo iphe,
ọ sụru g'ẹphe te emejeshi.
57 Ẹphe tsoo ọkpa nna phẹ oche;
gbakụtaru Chileke azụ;
tẹme ẹphe bụru ndu
adụdu onye gude ire
phẹ ẹka.
Onye daphuberu phẹ nụ
dụ g'onye
daphuberu okpete.
58 Ẹphe gude ẹka ẹphe agwaję
iphe,
ẹphe dobegbaaru l'ẹkameka;
gude kpatsua Chileke iwe;
mbụ kpatsu iya;
o koaharụ ntẹkpe,
ẹphe pyịshiru okophoo.
59 Gẹ Chileke hụmaru iya bẹ ẹhu
ghushiru iya eghu ike.

Ọ jịkaepho ndu Ízurẹlu
jịkanyia ẹnya.
60 Ọ nọ-buhu l'ụlo-ẹkwa nkiya
ono, dụ lẹ Shilo;
mbụ ụlo-ẹkwa ono,
bụ yẹbedua gude ẹka
iya kpọbe l'echilabọ
ụnwu-eliphe.
61 O woru okpoko ọgbandzu
iya haa; ndu ọhogu iya
lwụta l'ọgu;
mbụ okpoko ọgbandzu,
bụ iya egoshije g'ike iya
habe shii;
bya abụru iphe,
egoshije g'ọ dụ-be biribiri
bẹ ọ parụ haa l'ẹka
ndu ọhogu iya.
62 Ọ harụ ndibe iya; e gbushia
phẹ;
noo kẹle ndu ono,
bụ okiphe iya ono bẹ
kpatsuru iya iwe.
63 Nwada phẹ ta adụdu onye
byaru phẹ alụta;
noo kẹle ụnwokorobya
phẹ bẹ ọku tsugbushibẹberu.
64 Ndu uke Chileke phẹ bẹ
e gude mma gbushia;
ọphu ụnwanyi,
ji phẹ nwụhuru anọjeedu
l'ụlo-maa ndu shi alụ
phẹ nụ.

65 A -nọnyaa; Nnajịụphu
kwolihu g'onye shi
eku mgbẹnya;
mbụ kwolihu g'onye shi
ngụa mẹe;
ọ lọta iya phube;
66 bya enwuphu ndu ọhogu
iya azụ;
mee phẹ iphe-iphere,
ichi iya te nwedu echihu
jasụ l'ojejoje.
67 Oshilọkpa Jiósẹfu l'ophu bẹ
ọ jịkakotaru;
mbụ l'ọkpa-ipfu Ifuremu bẹ
ọ tọ họtaduru.
68 Obenu l'ọ gbẹchia họta
ọkpa-ipfu Jiuda;
bụ iya bụ úbvú Zayọnu ono,
o yeru obu ono.
69 Ọ bya eworu ụlo iya,
dụ nsọ kpụa; ọ ha g'oke úbvú;
mbụ kpụa ya; ọ dụ g'eliphe,
ọ tụru ọkpa iya; ọ bụru iphe,
a-nọ jasụ l'ojejoje.
70 Ọ họtaru onye-ozi iya,
bụ Dévidi;
bya edufuta iya l'ẹka ọ nọ
l'ọdu atụru.
71 O dufutaru iya l'ẹka ooche atụru
g'ọ bya eleta ndibe iya,
bụ ụnwu Jiékọpu ẹnya;
mbụ g'ọ kpọ-zijeru ụnwu
Ízurẹlu, bụ okiphe iya ụzo.

72 Dévidi gudekpọepho obu,
guru ìphóró leta phẹ ẹnya;
bya egude ọkpobe
mmamiphe chịkota phẹ
lẹ chiriri werere.

# 79

*Ebvu-ọma, Asafu deru*

1 Gụbe Chileke; hụmanu lẹ ndu
ọhozo sọ-kputewaru
alị ono,
bụ okiphe ngu ono.
Ẹphe pharwụshiwaru eze-ụlo
ngu ono, dụ nsọ ono;
bya emewaa Jierúsalẹmu;
ọ bụru ikpọzu.
2 Odzu ndu ejeru ngu ozi
bẹ ẹphe wowaru
tọgbogbaaru ẹnu,
ephe l'eli g'o ria;
mbụ l'odzu ndu dụru ngu
nsọ bẹ ẹphe wowaru
tụaru anụ-ẹgbudu
nanụ nanụ.
3 Jierúsalẹmu l'ophu gba
mgburugburu bẹ
ẹphe gbashịru
mee nemadzụ gẹ mini;
ọphu ọ dụedu onye
nọkwadu nụ, e-gburu
ẹja tukobe ndu ono,
wụshiru ẹgube ono.
4 Ndu obutobu anyi phẹ mẹ

ndu bupheru anyi
mgburugburu
tụko ekweru anyi une bya
achị anyi ọchi.
5 ?Bụ teke ole bẹ ẹhu
e-ghuberu ngu eghu
gụbe Chipfu?
?Ẹhu e-ghuwa ngu rọ eghu
jasụ l'ojejoje tọo?
?Bụ teke ole bẹ okophoo
ngu e-nwuberu
phuruphuru g'ọku
kparụ?
6 Wonụru ẹhu-eghu ngu
tukoshi ndu ọhozo ono,
amadụ ngu nụ ono!
Tukoshikwa iya phọ alị-eze
ono,
ete ekujedu ẹpha ngu ono!
7 Kẹle ẹphe gbuwaru oshilọkpa
Jiékọpu pyaapyaa;
bya emebyishiwa unuphu
ibe phẹ.
8 Te emekwa g'anyi nwụa
ọnwu iphe-ẹji,
nna anyi oche phẹ meru!
Phụaru anyi obu-imemini
ẹgwegwa;
kẹle anyi dabyiwaru
mgbegere.
9 Yeru anyi ẹka jiko Chileke;
mbụ gụbedua,
bụ onye ndzọta anyi;

k'ọphu ee-shi nno kwabẹ
ẹpha ngu ùbvù.
Gụaru anyi nvụ l'iphe-ẹji anyi;
nafụta anyi;
g'ẹpha ngu apfụru!
10 ?Dẹnu g'o gude ndu ọhozo
je a-nọduje ajị-phe sụ:
“?Dẹnu ẹka Chileke
phẹ nọ?”
Nọdunu l'iphu anyi mee gẹ
ndu ọhozo ono madzuru
l'ị gwataru ụgwo ọchi
ndu ejeru ngu ozi ono,
e gbushiru ono.
11 G'ude, ndu nọ l'ọka mkpọro
atsụ rwunaa ngu nchị!
Gudenụ ọkpehu ngu mee gẹ
ndu e kperu mpfugbu
nweru onwophẹ.
12 Pfụa obutobu anyi phẹ ụgwo
iphe,
ẹphe meru ngu ugbo ẹsaa;
mbụ iphe-iphere,
ẹphe mekọtaru kpua
gụbe Chipfu.
13 Ọo ya bụ g'anyịbe ndibe ngu
etua ngu ẹpha jeye
l'ojejoje;
mbụ anyịbe atụru,
iiche echeche ono;
mbụ l'anyi e-tu ngu ẹpha;
e -shi l'ọgbo
sweru ọgbo.

# 80

*Ebvu-ọma, Asafu deru*
*nụ onye-ishi ebvu;*
*g'e gude olu ebvu, "Ojimbvu Ọgbandzu"*
*gụa ya*

1-2 Ngabẹnu anyi nchị l'olu;
gụbe onye eche Ízurẹlu
g'onye eche atụru;
bya abụru onye anọduje
erwu Jiósẹfu g'onye
erwu igwe atụru eje
lẹ nri.
Gẹ gụbe onye ono,
sụgaru l'echilabọ chierobu
ono chinaa g'anwụ
l'iphu ndu Ifuremu;
waa ndu Benjiaminu;
yẹe ndu Manásẹ!
Jiko rụkotanu ike ngu bya
adzọta anyi!
3 Dophunu anyi azụ l'ọnodu
anyi jiko Chileke!
G'iphu ngu gbua nwịinwii
l'ẹhu anyi;
k'ọphu aa-dzọta anyi.
4 Gụbe Chipfu bụ Chileke;
bya abụru Ọkalibe-Kakọta-Ike;
?ẹhu e-ghukpọo ngu eghu
ghuberu teke ole;
mbụ kẹ g'ị tị nụmaje epfupfu,
ndibe ngu epfu anụ ngu?
5 Nta-a bẹ i mewaru phẹ;

ẹnya-mini bụru phẹ nri
eriri;
bya emee phẹ;
ẹphe ngụa ẹnya-mini,
jiru ochi njaka-ọnu.
6 I mewaru; ndu obutobu anyi
phẹ nọdu ekweru anyi
une;
tẹme ndu ọhogu anyi nọdu
achị anyi ntụmatu.
7 Dophunụ anyi azụ l'ọnodu
anyi; jiko Chileke,
bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike!
G'iphu ngu gbua nwịinwii
l'ẹhu anyi;
k'ọphu aa-dzọta anyi.
8 Ọo ngu shi l'alị Ijiputu gude
akpụru vayịnu wolata;
bya atụko ndu ọhozo
chịfuchaa l'alị phẹ;
bya eworu iya kụa.
9 Ọo ngu gude ẹka ngu
gbuchaa ẹka ị kpọberu
iya egbucha.
Ọ bya agbaa ọgbarabvu,
tụkoru alị ono l'ophu
jedzuru.
10 Ọ jaa àjàjà jachikọta úbvú
l'ophu;
mbụ l'ẹkali iya haẹpho
ephekerephe
ephekerephe g'eze
oshi sida.

11 Ẹpfukala iya jedzuru
oke-ẹnyimu.
Ọ tụko ẹkameka kpofushia
jasụ l'ẹnyimu
Yufurétisu.
12 ?Dẹnu g'ọ nwụru ọ gbẹchia
bụru nta-a bẹ i jeru
eworu mgbabu iya
phọkashia;
k'ọphu onyemonye,
aghata nụ ejeje je awọo
akpụru iya g'ọ dụ iya?
13 Ezi-ọswa shi l'oke ọswa
wụ-pfuta iya bya
atakwoshia ya;
tẹme ụnwu anụ,
i meru dobe l'ẹgbudu bụru
iya bẹ ẹphe gude
azụ onwophẹ.
14 Lwaphutanụ azụ lwapfuta
anyi; jiko Chileke,
bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike!
Gbẹnu l'imigwe lefu ẹnya
hụmakpodapho iphe,
anwụ nụ.
Jiko letanụ vayịnu
ngu-a ẹnya;
15 mbụ ọgbarabvu iya ono,
bụ gụbedua gude ẹkutara
ngu yee ya;
mbụ nwa nwoke,
bụ gụbedua gude ẹka ngu
zụa ya zụ-tsee.
16 Ome vayịnu ngu ono bẹ

e gbubushiakwarụ.
E gudeakwa ọku tsupyashịa
ya.
Ọ bụru mba, ị gbanwụberu
iphu baarụ ndibe ngu
meru iphe,
ẹphe watarụ alaa l'iyi.
17 Wonụru ẹka tukobe nwoke ono,
nọ ngu l'ẹkutara ono;
mbụ nwa nwoke ono,
bụ gụbedua gude ẹka ngu zụa
ya zụ-tsee ono.
18 Ọo ya bụ g'anyi aghabuhuru
ngu okotazụ.
Jiko phunwunaa anyi g'ọku;
g'anyi awata eku ẹpha
ngu ọzo.
19 Dophunụ anyi azụ l'ọnodu
anyi;
jiko Chipfu, bụ Chileke;
bya abụru
Ọkalibe-Kakọta-Ike!
G'iphu ngu gbua nwịinwii
l'ẹhu anyi;
k'ọphu aa-dzọta anyi.

# 81

*Ebvu, Asafu deru nụ onye-ishi ebvu; g'e gude ngwa ebvu, jíta gụa ya*

1 Unu gụa ebvu ẹhu-ụtso nụ
Chileke;

onye bụ iya bụ ike anyi!
Unu gude ẹhu-ụtso gbọo ọgboo
l'iphu Chileke kẹ
Jiékọpu!
2 Unu watanụ agụ ebvu;
kụru nkwa ye iya!
Unu akpọoru iya ogumogu;
waa une ẹrengete!
3 Unu gbunaa opu m'ọnwa
fụepho k'ọ̀phúú!
Unu gbukwaa ya phọ m'ọnwa
dzuẹpho edzudzu;
a wata ọbo-iphe.
4 L'iphe ono bụkwa omelalị,
a tụru doberu ndu Ízurẹlu;
mbụ l'ọo iphe,
Chileke kẹ Jiékọpu tọru
ọkpa sụ g'e tsoje.
5 Ọo ekemu, o meru o shihu
ike;
bya asụ gẹ Jiósẹfu
meje iya;
mbụ teke ono,
o tsoru ndu Ijiputu ọgu
onoya.
Olu, mu anụ te edokwaru
mu ẹnya.
6 Olu ono sụru: Ọo mbẹdua
pafụru phẹ oke ivu ono,
shi nọdu phẹ l'ukuvu ono;
mbụ bya ezia phẹ nkata
ivu ono,
ẹphe shi vuru ono.

7 Teke unu eje iphe-ẹhuka bẹ
unu kuru mu oku;
mu nọdu l'urwukpu gude
egbigwe za unu ẹnu
bya adzọta unu.
Mu gude mini Meriba hụa
unu ama.
8 Unubẹ ndibe mu;
unu ngabẹkpodapho;
gẹ mu lọo unu ẹka lẹ nchị!
Unubẹ ndu Ízurẹlu;
unu ngabẹkpodaru mu
phọ nchị!
9 G'ọ tọ dụkwa iphe ọzo,
unu e-dobe agwa
agwagwa
l'echilabọ unu!
Tẹme ọphu ọ dụkwa iphe ọzo,
unu a-bajẹru ẹja.
10 Noo kẹle ọo mbẹdua bụ
Chipfu;
bya abụru Chileke unu.
Ọo mbẹdua bụ onye
dufutaru unu l'alị Ijiputu;
mbụ-a;
unu sakpọdapho ọnu
unu gabala gẹ mu
wụ-jia ya awụ-ji!
11 “Obenu lẹ ndibe mu te
eyeduru mu ọnu;
mbụ lẹ Ízurẹlu te
ekwedu nọdu mu l'ẹka.
12 Tọbudu iya bụ;

mu wonụru phẹ haarụ
ẹjo ọkpoma phẹ;
g'ẹphe tsowarụro iphe,
ẹphe rịtaru l'obu phẹ.
13 Sụ-a; ọme ọo kẹ gẹ ndibe
mu ngabẹru mu nchị;
ọme ọo kẹ gẹ ndu Ízurẹlu
tsoo ụzo, mu tọru phẹ;
14 emekpe ndu ọhogu phẹ
ta adụkpodaa iphe,
o gege abụru mu.
Mu gege ewoẹrupho ẹka byabẹ
ndu achị phẹ lẹ njọ;
chịa phẹ ọkpu-akpọhu.
15 Ono gege eme gẹ ndu mụbe
Chipfu dụ ashị woze
onwophẹ alị l'iphu mu;
ọdumeka mu ahụ̀a phẹ
ahụ̀hù jasụ l'ojejoje.
16 Obenu l'unubẹdua bẹ
mu gege egude
ọkpobe ereshi zụa;
bya egude manụ-ẹnwu,
shi l'agbara-mkpuma
nụ-jia unu ẹpho."

# 82

*Ebvu-ọma, Asafu deru*

1 Chileke bataakwaru lẹ
ndzukọ ndu-ikpe.
Ọ nọ l'ẹka ono g'o kpee phẹ
ikpe.

2 Sụ-a: “?Bụ teke ole bẹ unu
e-kpeberu ikpe,
apfụduru-ọto?
Mbụ-a; ?bụkpoo teke ole bẹ
unu a-gbaberu ndu
ẹjo-iphe ọdzori?
3 Unu hanaaru ndu ụkpa waa
ndu enwedu nna enge!
Unu kpenaaru ndu aakpa
ẹhu waa ndu akpa nri
ikpe, pfụru ọto!
4 Unu gbafụtanu ndu ụkpa waa
ndu adụdu g'ọ dụ phẹ;
shi nno nafụta phẹ l'ẹka
ndu ẹjo-iphe!”
5 Ọ tọ dụdu iphe, ẹphe maru;
tẹme ọphu ọ dụdu iphe,
edoje phẹ ẹnya.
Ẹphe anọduje erwu dadishi
l'ọchii.
Ẹka a tụru ọkpa eliphe-a
l'ophu tụkoakwaru
anga anganga.
6 Mu sụru-a: “Mu makwarụ-a
l'unu nọ-chiru ẹnya
mụbe Chileke;
mbụ lẹ g'unu ha bụkota
ụnwu
Ọkalibe-kakọta-shii;
7 Obenu l'unu e-mechaa nwụhu
gẹ nemadzụ mmanụ.
Unu e-mechaa daa gẹ
ndu-ishi ọzo adajẹ.”

8 Gbalihunụ gụbe Chileke;
kpee ndiphe ikpe!
Kẹle ọhamoha bụkota iphe,
i nwe enwenwe.

# 83

*Ebvu-ọma, Asafu deru*

1 Gụbe Chileke; ta agbashịnu
nkụchi!
Sụ-a; gụbe Chileke;
ba nọdushinu
nggujingguji!
Jiko ba adashịnu kọkoroko!
2 ?Ị hụmawaru gẹ ndu ọhogu
ngu aphụ temutemu;
waa gẹ ndu ị dụ ashị
eseli ishi.
3 Ẹphe gude ẹregede achị idzu
ndibe ngu; mbụ achị iphe,
ẹphe e-me ndu dụ ngu l'obu.
4 Ẹphe epfu sụ: “Unu bya
g'anyi tụko ọha ono
l'ophu lwụa.
G'anyi mee g'ẹpha Ízurẹlu
chịhukpoepho l'ophu
l'ophu.”
5 Ẹphe bụru obu lanụ;
idzu phẹ wụa nanụ.
Ẹphe riwaru nte l'ẹphe e-me
ngu ẹjo-iphe.
6 Ndu ọnu-ụlo Edọmu;
yẹe ndu Ishimẹlu;
waa oshilọkpa Hega;

waa kẹ Mówabu.
7 Waa ndu Gebalu;
yẹe ndu Amọnu;
waa ndu Amalẹku.
Ndu Filisitayinu yịkwa iya
phọ;
ndu Taya yịru iya.
8 Tẹme ndu Asiriya bya
ayịkwaru iya phọ.
Ẹphe chịkoberu onwophẹ
g'ẹphe bụru agbaru-ike
ndibe Lọtu.
9 Menaa phẹ iphe,
i meru Midiyanu.
Mee phẹ g'i meru Sizera yẹe
Jiabinu l'ọkpa ẹnyimu
Kishọnu;
10 mbụ ndu ono,
i meru ẹphe bụru
mkpurupyata lẹ
Enu-Dọru; bya emee;
ẹphe reshihụ kụru l'alị;
bụwaruro ikpọzu,
emekwa alị.
11 Menaa ndu eze phẹ iphe,
i meru Orẹbu; waa iphe,
i meru Zeyẹbu.
Mekwaaphọ ndu-ishi phẹ
iphe,
i meru Zeba waa
Zalụmuna.
12 Mbụ ndu ono, sụjeru: “Unu
g'anyi lwụa alị Chileke

l'ophu lwụta nworu.”
13 Jiko Chileke nkemu;
menaa phẹ g'ẹphe dụ
g'ẹswa ekpofu;
mbụ g'ẹphe dụ g'ẹswa ereshi,
phẹrephere zikashịru.
14 G'ọ bụru g'ọku anọduje alwa
wọowoowoo l'ọswa-a;
ọzoo g'ọku etsuje úbvú-a
15 bụ g'ii-nwuru
phuruphuru g'oke
phẹrephere chịa
phẹ ọso;
tẹme l'i gude oke
phẹrephere ngu ono mee
gẹ ndzụ rwuta phẹ.
16 Menaa g'iphere ji phẹ iphu;
k'ọphu ndiphe a-wata achọ
ụzo,
ẹphe e-shi maru ẹpha
gụbe Chipfu.
17 G'e meje phẹ iphe-iphere;
mejeru ndzụ-agụgu ye
phẹ l'iphu
mkpụrumkpuru!
G'ẹphe gudekwa iphere
laa maa!
18 G'ẹphe eshi nno maru l'ọo
gụbe onye ono,
ẹpha ngu bụ Chipfu ono
bụ Ọkalibe-kakọta-shii lẹ
mgboko mgburugburu.

# 84

*Ebvu-ọma, e deru nụ onye-ishi*
*ebvu g'ụnwu Kora gụa;*
*g'e gude ngwa ebvu,*
*jíta gụa ya*

1 Gụbe Chipfu,
bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike;
Iphe, ẹka i bu amakwanụ!
2 Ọogushi obu mu ike;
mbụ lẹ meji atọfuakwa
mu atọfu ẹka ọogu
mu anọdu
l'eze-ụlo Chipfu.
Obu mu; m'ogwẹhu mu l'ophu
ara araku Chileke ono,
dzụ ndzụ ono.
3 Lenu l'ụnwu ogbe nwechaaru
ẹka ẹphe bugbaa
l'eze-ụlo ngu ono.
Agbẹta nwekwarụpho ẹka
ẹphe akpajẹ ẹpfune;
mbụ ẹka ẹphe anọduje
zụshia ụnwu.
Ẹka ono bụ lẹ mgboru
ọru-ngwẹja gụbe Chipfu,
bụ Chileke mu;
bya abụru
Ọkalibe-Kakọta-Ike;
bya abụkwarupho
Eze mu.
4 Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ ndu bu
ebubu l'eze-ụlo ngu;
noo kẹle ẹphe anọduje

l'ẹka ono etu ngu ẹpha
mkpụrumkpuru.
5 Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ ndu bụ
ngu bụ agbaru-ike phẹ;
mbụ ndu bụ iphe,
uche iya echije phẹ ẹhu
bụ g'ẹphe e-me jerwua
úbvú Zayọnu.
6 Ọobujeru; ẹphe -nọdu
awụghata lẹ nsụda Baka;
l'ọ dụ g'ẹka mini asọ
gborogboro;
tẹme l'ọ dụkwa phẹ phọ
g'ẹka mini udzumini
dzeshiru ike;
tụko ẹkameka tụkashia
okpuru okpuru.
7 Ẹphe eshije l'ike dasweru ike
gbiriri jasụ teke ẹphe
a-tụko je apfụru l'iphu
Chileke l'úbvú Zayọnu.
8 Gụbe Chipfu, bụ Chileke,
bya abụru Ọkalibe-Kakọta-Ike;
nụmanu epfupfu,
mu epfu anụ ngu!
Ngabẹru mu nchị;
gụbe Chileke kẹ Jiékọpu!
9 Lenaa ẹnya hụma onye ono,
egbobutaje anyi ono
gụbe Chileke!
Lenaa onye ono ẹnya;
mbụ onye ono,
ị wụru manụ l'ishi;

gude mee ya;
ọ bụru eze ono!
Meeru iya eze-iphe-ọma!
10 Anọ ujiku ophu l'eze-ụlo
ngu kakwa ree eme
l'anọ ụnu apha labọ
l'ụkporo apha iri
l'ẹka ọzo.
Ọ kakwa mu ree gẹ mu bụru
onye agụhajeru ndu abata
l'eze-ụlo Chileke ụzo;
eme lẹ mu jeru atụsaru
ẹhu l'ibe ndu ẹjo-iphe.
11 Kẹle Chipfu, bụ Chileke dụ
g'ẹnyanwu;
bya abụru onye
egbobutaje anyi.
Chipfu emejeru ndiphe
eze-iphe-ọma;
bya emeje g'a kwabẹ
nemadzụ ùbvù.
Ọ tọ dụdu iphe, dụ ree,
o kejeru ẹka mbvu l'ọ tọo
nụdu iya ndu ụta adụdu
lẹ ndzụ phẹ.
12 Gụbe Chipfu,
bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike;
ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ
onye dakoberu ngu nụ.

# 85

*Ebvu-ọma, e deru nụ*
*onye-ishi ebvu g'ụnwu Kora gụa*

1 Gụbe Chipfu; i goshiru l'alị
ngu dụ ngu l'obu.
Ọ bụru iphe ono meru g'o
gude i duphuta ndibe
Jiékọpu azụ l'alị phẹ;
mbụ ndu e shi kpụa lẹ ndzụ.
2 Ẹjo-iphe, ndibe ngu meshiru
bẹ ị gụru phẹ nvụ;
bya eworu iphe kpube l'iphe-ẹji,
ẹphe meshiru g'ọ ha.
3 Ị tụkowaru oke ẹhu-eghu
ngu g'ọ ha gwọbe;
bya apakọtaru ẹhu-eghu ono, meru;
ẹnya nọdu ata ngu
kpịtikpiti ono parụ haa.
4 Dophunụ anyi azụ l'ọnodu
anyi; jiko Chileke,
bụ onye ndzọta anyi.
Hanaa avụru anyi ọvuma!
5 ?Iphe, anyi meru ngu
e-ghuwa ngu rọ eghu
jasụ l'ojejoje tọo?
Mbụ-a; ?ịi-hawarọ ẹhu-eghu
ngu ono g'o shi l'ọgbo
sweru ọgbo tọo?
6 ?Tịi kabẹkpodaa mee g'anyi
jakerehu ọzo;
shi nno mee g'ẹhu
kabẹkpoo tsọo ndibe
ngu ụtso?
7 Goshinụ anyi l'i yeru anyi
obu jiko Chipfu!

Dzọnaa anyi l'onwongu!
8 Gẹ mu nụmaeshikwa
iphe, Chileke,
bụ Chipfu epfu.
O kweru ukwe sụ lẹ ya e-me
g'ẹhu dụ ndibe iya guu;
mbụ ndu dụru iya nsọ.
Ọle iphe, ẹphe a-kwa ẹnya bụ
g'ẹphe ta laphubahẹ
azụ l'eme eswe.
9 Iphe, doru ẹnya bụ lẹ ndu
atsụ Chipfu ebvu bẹ
ọobyaakwa adzọta;
k'ọphu o-gbu-nwịinwii
ya a-nọdu l'alị anyi.
10 N-yemobu yẹe ire-lanụ a-gba
onwophẹ ndzuta;
apfụbekoto yẹe
ẹhu-guu anmaa
onwophẹ akpa.
11 Ire-lanụ e-shi l'eliphe
mifutachaa;
tẹme apfụbekoto agbẹ
l'imigwe lee ẹnya l'eliphe.
12 Chipfu a-bụru iphe,
dụ ree bẹ ọo-nụkota;
bya emee g'iphe,
anyi meberu l'alị anyi
mehu emehu.
13 Apfụbekoto e-vutajẹru
iya ụzo;
je atọoru iya gbororo,
ọo-nọdu eshi.

# 86

*Epfupfu, Dévidi pfuru nụ Chileke*

1 Ngabẹnu nchị; gụbe Chipfu;
zanụ mu ẹnu!
Kẹle mbẹdua bụ onye ụkpa;
bya abụru onye adụdu
g'ọ dụ iya.
2 Letanụ mu ẹnya;
kẹle mu yeru ngu obu.
Ọo ngu bụ Chileke mu;
dzọnaa mụbe onye-ozi ngu,
dakoberu ngu nụ.
3 Phụaru mu obu-imemini;
jiko Nnajịụphu;
kẹle mu eku ngu oku
mkpụrumkpuru.
4 Menaa g'ẹhu tsọo mụbe
onye-ozi ngu ụtso;
kẹle ọo gụbe Nnajịụphu bẹ
obu mu l'ophu araku.
5 Gụbe Nnajịụphu bụ onye ọma;
bya abụru onye agụjeru
nemadzụ nvụ.
Iphe, bụkpoo ndu arakuje
ngu nụ bẹ iiyeje obu
yegharụ iya ẹka.
6 Nụmanu epfupfu,
mu epfu anụ ngu
jiko Chipfu!
Ngabẹnu nchị nụma mkpu,
mu echiku ngu g'i meeru

mu eze-iphe-ọma!
7 Iphe -nọdu atsụ mu l'ẹhu bẹ
mu a-kpọ-kuje ngu;
kẹle mu maru l'ịi-nụma olu
mu.
8 Agwa, nọkota nụ ta adụdu
ọphu atụru gụbe Nnajịuphu;
ọphu ọ dụdu iphe, ẹphe eme,
dụru ọphu aatụ eyeru
ọphu gụbedua eme.
9 Ọhamoha ono,
i gude ẹka ngu mee ono
l'e-mechaa byakọta bya
abaarụ gụbe Nnajịuphu ẹja;
bya etua ngu ẹpha.
10 Noo kẹle ị parụ ẹka;
tẹme ị nọdu emeje iphe,
dụ biribiri.
Ọo ngu kpoloko kpẹekpu bẹ
bụ Chileke.
11 Jiko Chipfu; zinaa mu
ụzo ngu;
k'ọphu mu a-nọdu
etso ụzo ire-lanụ ngu ono.
Menaa g'ọriri mu ta agbashị
mu ụzo ọtu l'ẹka ị nọ;
k'ọphu mu a-nọdu
atsụ ẹpha ngu ebvu.
12 Mu gude obu mu g'ọ ha
ekele ngu ekele;
gụbe Nnajịuphu,
bụ Chileke mu.
Mu e-tu ngu ẹpha jasụ

l'ojejoje;
13 kẹle i yeru mu obu
yegharụ mu iya ẹka.
Noo kẹle ị nafụtaru ndzụ
mu l'alị-maa.
14 Oowaa Chileke! Ndu eku
onwophẹ wulihuakwaru
bya mu etso ọgu.
Tẹme ndu ewebushi akụrepho
dzukọbe g'ẹphe gbua mu;
mbụ ndu ono,
te eyeduru gụbe Chileke
ọnu ono.
15 Obenu lẹ gụbe Nnajịuphu
bụ Chileke,
aphụje obu-imemini;
bya abụru onye emeje
eze-iphe-ọma.
Ẹhu te eghujedu ngu eghu
ẹgwegwa;
tẹme ị nọdu eyeje obu
yegharụ iya ẹka;
bya abụru onye apfụshije
ike l'iphe, i pfuru.
16 Ghanaaru mu iphu;
meeru mu eze-iphe-ọma!
Wonụru ike ngu ye mụbe
onye-ozi ngu l'ẹhu!
Dzọnaa mụbe nwa,
nwanyị ono,
ejeru ngu ozi ono nwụru!
17 Goshinu mu iphe-ọhubama,
e-me gẹ mu maru l'ị

bụ onye ọma;
k'ọphu ndu ọhogu mu
a-hụma iya; iphere egude phẹ;
noo kẹle gụbe Chipfu
gbaru mu mkpu bya
adụa mu obu.

# 87

*Ebvu-ọma, ụnwu Kora gụru*

1 Chipfu tụwaru ọkpulo iya
l'eli úbvú, dụ nsọ.
2 O yeru Zayọnu ẹnya;
yeghata iya g'o yeberu iphe,
bụkpoo ẹka ọzo,
ụnwu Jiékọpu bu.
3 Gụbe eze mkpụkpu kẹ
Chileke; iphe,
dụ biribiri bẹ eepfukwa
akụnyabe ngu:
4 “Ndu Réhabu; yẹe ndu
Bábilọnu bẹ mu
gụakwaru ye lẹ ndu
maru mu nụ.
Ndu Filisitayinu;
yẹe ndu Taya;
waa ndu Kushi bẹ mu
gụkwarupho ye iya.
Ndu ono g'ẹphe ha bẹ
aa-tụko gụru ye lẹ ndu
a nwụru lẹ Zayọnu.”
5 Mbụ lẹ-a; ee-pfuje phota
Zayọnu sụ:
“Onye ọwa-a; yẹe onye ọphuu

bẹ a nwụkwaru l'ime iya.
Ọ bụru Ọkalibe-kakọta-shii
l'onwiya l'e-me iya g'ọ
ngụru angụru.”
6 Chipfu e-de l'ẹkwo,
o deru ẹpha ndiphe sụ:
“Onye ọwa-a bẹ a nwụru
lẹ Zayọnu.”
7 Ndu agụ ebvu;
waa ndu ete iya etete
a-tụko gụa ebvu sụ:
“Ọo lẹ Zayọnu bẹ mini ndzụ
gbẹ asọshiru phẹ!”

# 88

*Ebvu-ọma; ẹ́vù, Hemanu,*
*bụ oshilọkpa Ẹzura*
*kwarụ nụ onye-ishi ebvu*
*g'ụnwu Kora gụa; g'e*
*gude olu aphụ kwaa ya*
1 Jiko Chipfu, bụ Chileke,
adzọje mu nụ;
mu nọwaa l'iphu ngu
kwaa ẹkwa onwomu;
kwakọta iya eswe l'ẹnyashi.
2 G'epfupfu, mu epfu anụ ngu
rwunaa ẹka ị nọ!
Ngabẹnu nchị l'olu ẹkwa mu!
3 Kẹle ndzụ mu l'ophu bụwaa
iphe-ẹhuka jiru iya;
tẹme ndzụ mu nọduwaa
ilu phakuu.
4 A gụwaru mu ye lẹ ndu

aabyawaa ekpochi
ẹja l'ilu.
Mu dụwaa gẹ nwoke,
ike bvụru.
5 E wowaru mu gbadoru
ndu maa.
Mu dụwaa g'onye e gburu
tọgbo l'ime ilu;
mbụ gẹ ndu ono,
ta adụedu g'ẹphe ha dụru
onye ọphu ị nyatarụ ono;
mbụ ndu ono,
unu l'ẹphe bukafuwaru;
ọphu iiletabaẹdu phẹ
ẹnya ono.
6 I chiewaru mu l'ilu ọphu
bụ iya kachaa omilomi;
bya abụru iya kakọta
agba ọchii.
7 Oke ẹhu-eghu ngu
zụpyabeshiru mu ike.
I gudewaa akparamini nkengu
byaru mu ye l'ime mini.
8 Ị natawaru mu ndu mu l'ẹphe
shi eshi ọkpobe ọnyà.
I mewaa; ẹphe nọdu ebujeru
ụbara yeru mu;
tẹme i gubuwaru mu
ye l'ime ụlo k'ọphu mu
taa agbaladu.
9 Mu jewaru iphe-ẹhuka jasụ
ẹnya gbahụ mu ọchii.
Mbọku-mbọku bẹ mu anọduje

eku gụbe Chipfu.
Lekwa ẹka mu ẹphenebo
gẹ mu chiliru ngu iya.
10 ?Iimeje iphe, dụ biribiri
gude egoshi maa tọo?
Ndu nwụhuru anwụhu;
?ẹphe a-gbẹshi tuahaa ngu
ẹpha tọo?
11 ?Aanọduje l'ime ilu atụ ọnu
g'i yeberu nemadzụ obu?
Tọo ?aanọduje l'ẹka eegwe
nemadzụ arakabya pfua
g'ị bụ-be onye
apfụshije ike l'iphe,
i pfuru?
12 Tọo ?aanọduje l'ẹka gbahụru
tsụkiribaa maru iphe,
dụ biribiri, iimeshi?
Tọo ?aanọduje l'alị ẹka a
taa nyatajẹẹdu onye larụ
iya nụ pfua g'apfụbekoto
ngu habe shii?
13 Obenu lẹ mu eku ngu g'ị bya
agbaarụ mu mkpu
gụbe Chipfu.
Ụtsu g'ụtsu bẹ mu anọduje
epfu anụ ngu.
14 ?Dẹnu g'o gude gụbe Chipfu
jịka mu?
?Ọ nwụru ịnwu-agha bẹ
iiwoharu mu iphu
ngu ewoha?
15 Eshinu mu bụ nwata bẹ

iphe-ememe shi kpata mu ẹhu;
k'ọphu bụ lẹ mu nọwa
ọnwu ntse.
I mewaru mu jee iphe-ẹhuka
jasụru ike bvụwa mu;
ọphu mu amakpọedu gẹ
mu e-me iya.
16 Oke ẹhu-eghu ngu kpowaru
mu kpofu;
tẹme eye ebvu nkengu
mewaa mu; mu bụru
ọla-l'iswi.
17 Mbọku-mbọku bẹ ẹphe
asọ-pheje mu g'onye utso
gbaburu haa.
Ẹphe woru mu guchia
kpụrukudukuu.
18 Ị natawaru mu ndu mu l'ẹphe
shi aswị ọswi;
mẹ ndu yeru mu obu.
Nta-a bụwaa ọchii bụ onye
ẹbo mu.

# 89

*Ẹ́vù, Etanu, bụ oshilọkpa
Ẹzura kwarụ*
1 Mu a-gụ ebvu gude pfua
gẹ n-yemobu Chipfu habe
shii.
Mu a-gụ iya jasụ l'ojejoje.
Mu e-gude ọnu mu pfua
g'ọgbo l'ọgbo maru l'ị
bụ onye apfụshije ike l'iphe,

i pfuru.
2 N-yemobu ngu a-dụ g'ọ dụ
jasụ l'ojejoje.
Ọo g'akpaminigwe ngụru
angụru-a bụ
g'apfụshi ike l'iphe,
i pfuru angụjeru.
3 Ị sụru l'onye ị họtaru bẹ gụ
l'iya gbawaru ndzụ;
mbụ l'i rifuwaru Dévidi,
bụ onye-ozi ngu angụ sụ:
4 “Awa ngu bẹ mu e-me g'ọ
ngụru angụru nọo
ojejoje;
mee g'aba-eze ngu kpọo
g'abara shi l'ọgbo
sweru ọgbo.”
5 Imigwe l'ophu atụ ọnu g'ị
dụ-be biribiri gụbe Chipfu;
tẹme ọ nọdu egoshikwaphọ
ndu dụru ngu nsọ l'ị bụ
onye apfụshije ike
l'iphe, i pfuru.
6 Kẹle-a; ?bụ onye nọ l'imigwe
bụ onye aa-nọdu atụ
eyeru Chipfu?
?Mbụ dẹnu onye imigwe
ọphu aa-nọdu atụ
eyeru Chipfu?
7 Ẹka ndu dụ nsọ k'imigwe
dzukọberu bẹ aanọdujekwa
atsụ Chileke ebvu.
Ọ kakọta ndu nọ-pheru iya

mgburugburu adụ ebvu.
8 Gụbe Chipfu, bụ Chileke,
bụ Ọkalibe-Kakọta-Ike;
?bụ onye dụ gẹ ngu?
Ị parụ ẹka gụbe Chipfu;
tẹme ị nọdu apfụjeru
pfụshia ike l'iphemiphe,
i pfuru gbaa
mgburugburu.
9 Ọo ngu anọduje eleta oke
akparamini eze-ẹnyimu ẹnya;
tẹme ọ -bụru l'akparamini
sọru kẹ kpukumu;
l'i mee ya l'ọ daa gbẹe.
10 Réhabu bẹ i chitaru tụa l'alị.
Ọ dabyiru g'onye e gburu
l'ọgu.
I gude ike ngu chịa ndu
ọhogu ngu;
ẹphe gbaa nanụ nanụ.
11 Igwe l'ophu bụ nkengu.
Eliphe l'ophu bụkwarupho
nkengu.
Ọo gụbedua tụru ọkpa
mgboko l'ophu;
yẹe iphemiphe,
nọ iya nụ.
12 Ndẹgu iya mẹ ndọhali iya
bụkota gụbedua meru
phẹ dobe.
Úbvú Tabọ; yẹe úbvú
Hamọnu agụje ebvu
ẹhu-ụtso m'ẹphe nụma

ẹpha ngu.
13 Oshi-ẹka ngu bụ iphe,
swetaru iya nụ bụ
ọkpehu.
Ẹka ngu shihuru ike;
ẹkutara ngu kangoo.
14 Aba-eze ngu bụ apfụbekoto
yẹe ikpe,
pfụru ọto bẹ e gude tụa
ọkpa iya.
Ị nọdu akpajẹru n-yemobu
ngu; yẹe apfụshi ike l'iphe,
i pfuru vuru ụzo l'iphemiphe,
iimekpọo ememe.
15 Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ ndu
maru g'eetuje ngu ẹpha;
mbụ ndu bụ ìphóró,
shi l'ẹka gụbe Chipfu nọ
bẹ ẹphe egudeje eje
ẹkameka, ẹphe eje.
16 Ẹphe egudeje ẹpha ngu ete
ẹswa mkpụrumkpuru.
Ẹphe nọdu anọduje ekutse
ngu l'ị bụ
onye pfụberekoto.
17 Kẹle ọo ngu bụ ike,
dụ biribiri, ẹphe nweru.
Ọ bụru l'ọo l'anyi dụ ngu
l'obu meru iphe,
iimeje g'ike anyi kangoo.
18 Mbụ lẹ-a; l'onye mgbobuta
anyi bụkwa Chipfu bẹ
nụru iya anyi;

mbụ l'eze anyi bụkwa
Onye Nsọ kẹ ndu Ízurẹlu
bẹ o shi l'ẹka.
19 O nweru teke i gudeje
ọphulenya zia ndibe
ngu ozi;
sụ l'i mewaru g'ọkpehu
kalẹru ojọgu lanụ.
Ị byaru l'echilabọ ndibe ngu
bya ahọta nwokorọbya
lanụ;
mee g'ọ bụru onye
ndiphe a-nọdu ekutse.
20 Ị hụmawaru onye-ozi ngu,
bụ Dévidi.
I woru manụ ngu,
dụ nsọ wụa ya l'ishi.
21 Sụ l'ọo ẹka ngu bẹ ii-gude
mee ya l'ọ ngụru angụru;
mbụ l'ọ kwa oshi-ẹka
gụbe Chileke
a-nọduje eme g'ike ka
iya adụdu.
22 Ọ tọ dụdu ndu ọhogu iya,
dụru ndu ọphu a-dụ
ike ekebuta iya g'ọ tụru
phẹ ụtu;
ọphu ndu ẹjo-iphe asụdu
iya emekpa ẹhu.
23 Ndu achị iya lẹ njọ bẹ ịi-nọdu
l'iphu iya zọpyashia;
l'i chitsushikọta ndu
ọ dụ ashị.

24 N-yemobu ngu waa apfụshi
ike l'iphe,
i pfuru l'a-nọdu swiru iya.
Ọ bụru ẹpha ngu bẹ
oo-gudeje mabẹ mpu
iya gugugu.
25 Alị-eze iya bẹ ii-me g'ọ jaa
àjàjà;
mbụ g'o shi l'eze-ẹnyimu
nọo jasụ l'ẹnyimu
Yufurétisu.
26 Ọo-nọdu arakuje ngu sụ:
“Ọo ngu bụ nna mu;
bya abụru Chileke mu;
bya abụru agbara-mkpuma,
l'adzọje mu nụ.”
27 Gụbedua l'onwongu
emekwanaa ya l'ọ
bụru ọkpara ngu;
mbụ l'ọ bụru iya a-kachaa
shii l'iphe,
bụkpoo ndu eze,
nọ l'eliphe l'ophu.
28 N-yemobu, i yeru iya l'a-bụru
ojejoje.
Ọgbandzu gụ l'iya apfụru
pfụshia ike.
29 Awa iya bẹ ii-me;
ẹphe angụru angụru
jasụ l'ojejoje.
Alị-eze iya bụ g'igwe
l'ophu nọ-beru
bụ g'ọo-nọ-beru.

30 Ọ -bụru l'ụnwu iya jịkaru
eme ekemu ngu;
ọphu ẹphe etsodu
iphemiphe,
ị tụru ọkpa iya sụ
g'e tsoje;
31 ẹphe -mebyia omelalị,
i doberu phẹ;
bya ajịka eme iphe,
ị sụru g'ẹphe meje;
32 l'i gude mgbọro bya echia
phẹ pyaapyaa gude
hụ̀a phẹ ahụ̀hù;
mbụ bya echia phẹ ẹchachi
gude hụ̀a phẹ ahụ̀hù
k'ẹjo-iphe, ẹphe eme.
33 Ọle ọ tọo kpọshikwanu g'i ti
yehẹ iya obu g'i yeru
iya ya;
ọphu ọ dụdu teke ịibya aha
apfụshi ike l'iphe,
i pfuru lẹ k'ẹhu iya.
34 I tii mebyikwa ọgbandzu ngu
l'ẹhu iya.
Ọphu ịigbanwekwa iphe,
ị sawaru ọnu pfua.
35 Eshinu ị bụ onye dụ nsọ bẹ
i riru angụ mgbo lanụ
sefu ẹka;
sụ l'ị tị byadu adzụru
Dévidi ụka;
36 sụ l'awa iya a-nọ jasụ
l'ojejoje.

Ọ bụru g'ẹnyanwu keru
ngu l'iphu bụ g'alị-eze iya
e-keru damudamu;
37 mbụ l'oo-keru jịmujimu
jasụ l'ojejoje g'ọnwa,
bụ iphe,
agba ekebe l'akpaminigwe;
l'e gude ire iya ẹka.
38 Obenu l'onye ono,
ị wụru manụ l'ishi ono bẹ
ị jịkawaru;
bya avụaharu iya ọvuma.
39 Ị jịkawaru ọgbandzu,
gụ l'onye-ozi ngu gbaru.
I wowaru okpu-eze iya woru
gwọo l'urwuku.
40 Igbulọ iya l'ophu bẹ i
tsukpọshichawaru
etsukpọshi.
I woru ụlo-mgbobuta iya tsua
yọgiri yọgiri.
41 Iphe, bụkpoo ndu aghata
aghata gwee ya tụtu-a.
Ndu obutobu iya nọdu
ekweru iya une.
42 I tuliru ndu achị iya lẹ njọ
ẹka l'eli;
bya emee ndu ọhogu iya;
ẹphe nọdu ete ẹswa.
43 Atatiphu ogu-echi iya bẹ
i woru ghachaa
ịgharaphu;
ọphu iimejeẹdu g'ọ pfụshia

ike l'iphu ọgu.
44 I mee; ọphu ọ dụedu
akpabiri;
bya eworu aba-eze iya
rwụa lẹ ntụ.
45 I meru iya ọ kahụ lẹ
nwokoro;
bya eworu iphere yee ya
g'onye yeru
akpawuru uwe.
46 ?Ọo-dụ ẹgube ọwa-a jasụ
teke ole gụbe Chipfu?
?Ii-domiwarọ onwongu jasụ
l'ojejoje tọo?
?Bụ teke ole bẹ ẹhu-eghu ngu
e-nwu phuruphuru
g'ọku nwuberu?
47 Jiko nyatakwa gẹ ndzụ mu
dụ-be mkpirikpu;
kẹle nemadzụ,
i meru bụepho udzu
ọnu mmanụ.
48 Lẹ-a; ?dẹnu nemadzụ,
a-nọdu ndzụ g'ọ tọ
nwụhu anwụhu;
ọzoo g'ọ dzọo onwiya g'ọ
tọ la maa?
49 Gụbe Nnajịuphu; ?bụ awe bẹ
i doberu eze n-yemobu
ngu ono,
i shi egoshije mu ono;
mbụ n-yemobu ono,
i gude apfụshije ike l'iphe,

i pfuru rifuru Dévidi
angụ l'ịi-nụ iya ono?
50 Nnajịuphu; nyatanụ g'a
chị-bewaru onye-ozi
ngu ọchi;
waa gẹ mu tabewarụ
nshi l'iphu,
ndiphe nọ akwagọ mu;
51 mbụ iphu ono,
ndu ọhogu gụbe Chipfu
anọduje akwagọ
onye ị wụru manụ
l'ishi ono.
Ẹkameka, ọ nọ bẹ ẹphe
anọduje akwagọ iya
iphu gude eme iya
iphe-iphere.
52 G'ajaja bụru kẹ Chipfu jasụ
l'ojejoje!
Nokwa g'ọ dụ;
bya abụru g'ọ dụ.

# 90

*Epfupfu, Mósisu onye kẹ Chileke pfuru nụ Chileke*

1 Gụbe Chipfu; ọ bụhawaa ngu
bụ onye anyi bu ebubu
l'ime iya eshikpọo
l'ọgbo sweru ọgbo.
2 Oke úbvú bya a-bụru iphe,
dụ adụdu;
mbụ l'ị byaru e-me eliphe
l'ophu;

yẹe mgboko gbaa
mgburugburu;
ị nọduhawaa;
tẹme i je a-nọdu jasụ
l'ojejoje.
3 Nemadzụ bẹ iizije g'ọ laphu
azụ l'alị.
Ịisuje iya: “Unu laphu
azụ l'alị;
unubẹ ụnwu-eliphe!”
4 Kẹle ụnu-kụru-ụnu apha
l'ẹnya ngu dụele ngu-a
g'ujiku lanụ;
mbụ l'ọ dụjee ngu phọ gẹ
nche ẹnyashi lanụ.
5 Nemadzụ bẹ iigudeje
anwụhu kpofu g'onye
kpofuru ẹswa;
kẹle ẹphe dụ
rwushirwushi
g'ẹswa.
6 L'ụtsu bẹ ọonoduje asha
bìríbìrí abya pulapula.
O -betashia l'ụzenyashi
l'ọ nwụlwashihuwa
kpọshihu nkụ.
7 Oke ẹhu-eghu ngu
nmaswikọtawaru anyi
g'ọku;
tẹme ẹhu-eghu ngu mee;
meji gbabuhu daa anyi
l'ọhu ẹpho.
8 Ẹjo-iphe, anyi meshiru bẹ ị

kpọru giriri l'iphu ngu.
Ị bya atụko iphe-ẹji,
anyi meru lẹ mpya mee;
ọ dabyikọtaru ẹba
l'atatiphu ngu.
9 Oke ẹhu-eghu ngu mewaru
ndzụ anyi;
ọ nọdu agbajẹ mkpirikpu.
Ọ bụru atsụ ude bẹ anyi
egudeje tsugbua
nwapha olemole ọphu
ị harụ anyi.
10 Iphe, anyi anọ-bejeru bụ
ụkporo apha ẹto l'apha iri.
Teke ọ bụ onye ike dụ l'ọ
nọ-rwua ụkporo apha ẹno.
Ọle ọ bụ; iphe,
ejije iya nụ
abụkotajeerupho eje
iphe-ẹhuka yẹe aphụ;
ọphu ọ dụdu g'aanọ-bejeru
l'ọ bvụ;
ndzụ anyi ephukashịhu.
11 ?Bụ onye maru g'ẹhu-eghu
ngu shihuberu ike?
?Bụ onye bẹ o dokpọoru
ẹnya;
mbụ g'oke ẹhu-eghu
ngu habe shii;
k'ọphu ọo-nọdu atsụ
ngu ebvu?
12 Menaa g'anyi maru l'ọ tọ
dụdu g'anyi a-nọ-beru

l'eliphe-a;
k'ọphu oo-me g'anyi
maru iphe.
13 Lwanụ azụ jiko Chipfu.
?Ẹgube ọwa-a a-dụ jasụ
teke ole?
Phụnaaru anyịbe ndu-ozi
ngu obu-imemini!
14 Gẹ n-yemobu ngu jijenụ
anyi ẹpho l'ụtsu;
k'ọphu anyi a-nọduje
agụ ebvu ete ẹswa
mbọku-mbọku.
15 Menaa g'ẹhu tsọo anyi ụtso
tsọ-rwua g'ẹhu shi
dụ-beru anyi ẹji;
mbụ g'i mee;
ẹhu atsọo anyi ụtso g'apha,
anyi jeru iphe-ẹhuka ha.
16 G'anyịbe ndu-ozi ngu
hụmanu iphe,
iimeshi.
G'awa anyi hụmakwapho
g'ike ngu dụ-be biribiri.
17 Gụbe Nnajịuphu, bụ Chileke;
g'eze-iphe-ọma nkengu
nọdukwa swiru
anyi eswiru!
Menaa g'iphemiphe,
anyi eme ngụru angụru!
Ee! Jiko Chipfu;
mekwaa ya g'ọ
ngụru angụru!

# 91

1 Onye nọ lẹ mkpula
Ọkalibe-kakọta-shii
l'e-buru eburu lẹ mkpula
ibvu
Ọkalibe-kangokọtaru-nụ.
2 Gẹ mu e-pfu kẹ Chipfu bụ l'ọ
bụ iya bụ onye mu nọ
lẹ mkpula ezeru ndzụ;
bya abụru iya bụ
agbaru-ike mu.
Ọo ya bụ Chileke;
onye mu dakoberu.
3 Ọ kwa yẹbedua l'a-dzọta ngu
g'ị tị nmalahụ l'igbudu,
ndu achị nta ngu
gbabẹru ngu;
bya adzọtakwa ngu phọ
l'ẹjo iphe-ememe,
tsoru phẹrephere eje.
4 Ọo ǹkù iya bẹ oo-gude
kpuchia ngu.
Ọ bụru lẹ mkpula ǹkù
iya bẹ ịi-gbaba je
edomia onwongu.
Ọ bụru ike, ọopfushije l'iphe,
o pfuru a-bụru iphe,
e-gbobutajẹ ngu nụ;
bya abụru iphe,
i gude ezeru onwongu.
5 Iphe, anọduje eye ebvu
l'ẹnyashi bẹ ị tịi
tsụdu ebvu;

ọphu ịitsukwapho apfụ,
ezi phuphuphu
l'eswe ebvu.
6 Tẹme ẹjo iphe-ememe,
anọduje eze kọjokojo
l'echi abalị ta adụdu
ọphu ịitsu ebvu;
mbụ je akpachaa lẹ ndu
ọphu etsu nemadzụ
pyaapyaa l'echi eswe.
7 Ụnu labọ l'ụmadzu ụkporo iri
l'a-da ngu lẹ mgburẹku;
tẹme ndu rwuru ụnubuku
adabyiru ngu
l'ụzo ẹkutara;
ọle ọ tọ dụdu iphe,
bya eme ngu nụ.
8 Ọo ẹnya bẹ ii-gudeje hụma
aphụ, aanụ ndu ẹjo-iphe;
obenu lẹ gụbedua bẹ ọ
tọo jịdu mẹ mgbọdzu.
9 Ọ kwa gụbe Chipfu bụ onye
mu nọ lẹ mkpula
ezeru ndzụ.
Eshi ọphu ị nọ lẹ mkpula
Ọkalibe-kakọta-shii;
10 ọ tọ dụdu iphe,
byaru eme ngu nụ;
ọphu ọ dụdu mgbuka,
bya eshita ụzo ibe ngu;
11 kẹle ọo-karụ-a
ụnwu-ojozi-imigwe iya
g'ẹphe leta ngu ẹnya;

chee ngu nche l'iphe,
bụkpoo ụzo, iishikpọ.
12 Ẹphe e-gude ẹka pata
ngu apata; a nọnyaa;
ị kpọo ọkpa lẹ mkpuma.
13 Oduma; yẹe óghù bẹ
ịi-zọpyabeje l'ọkpa;
mbụ l'oke oduma;
yẹe ẹjo-agwọ bẹ ii-gudeje
ọkpa zọ-gbua.
14 Chipfu sụkwaru: "Eshinu o
yeru mu obu bẹ mu
a-nọduepho anafụtaje
iya;
mbụ lẹ mu a-nọduepho
egbobutaje iya g'ọ tọ dụ iphe,
e-me iya nụ;
kẹle ọ gụberu ẹpha
mu iphe.
15 Oo-ku mu oku;
mu aza iya ẹnu.
Ọ -nọdu eje iphe-ẹhuka;
mu anọdu swiru
iya eswiru.
Mu anafụta iya bya akwabẹ
iya ùbvù.
16 Mu e-gude ndzụ ogologo
zụ-jia ya ẹpho;
goshi iya gẹ mu egudeje
adzọ nemadzụ."

# 92

*Ebvu-ọma eswe-atụta-unme*

1 Ọo iphe, dụ ree g'a jajẹ
Chipfu ajaja;
mbụ g'e gudeje ebvu tua
gụbe
Ọkalibe-kakọta-shii ẹpha;
2 mbụ g'a gbẹshije l'ụtsu
je epfukashịaru ndiphe
kẹ n-yemobu ngu ono.
Teke o rwuru l'ẹnyashi;
eeje epfuaru phẹ g'ị
bụ-be onye apfụshije ike l'iphe,
i pfuru.
3 Iphe, ee-gude akụ iya lẹ
nkwa bụ une,
a kparụ l'ụdo iri;
yẹe ogelenda,
aha gengugengu;
4 kẹle gụbe Chipfu gudewaa
iphe, dụ ree, iimeje mee
g'ẹhu tsọo mu ụtso.
Mu agụje ebvu ẹhu-ụtso mẹ mu
hụmaepho iphe,
i gude ẹka
meshigbaa dobe.
5 Gụbe Chipfu; lewarọ g'iphe,
iime habe shii.
Tẹme ọriri ngu paa omilomi.
6 Obenu l'onye egomunggo
swehuru ta amadụ
l'onoo g'ọ dụ;
ọphu o dokwarụpho
onye-eswe ẹnya
ẹgube ono;

7 mbụ l'a makwarụ-a lẹ ndu
ẹjo-iphe akpọ-fushi
g'ẹka ẹswa efushi;
tẹme lẹ ndu iwashị bẹ
iphemiphe, ẹphe eme
bụkotaepho ụpete;
ọle ee-mechakwanaa
mebyia phẹ jasụ l'ojejoje.
8 Obenu lẹ gụbe Chipfu parụ
ẹka jasụ lẹ tuutuutuu
lẹ mịimiimii.
9 Gụbe Chipfu; ndu ọhogu ngu
e-mechakwaa bụru
mkpurupyata;
mbụ-a; ndu ẹjo-iphe g'ẹphe
hakọtakpoo bẹ
ee-mechakwaa
chịka nanụ nanụ.
10 Obenu l'i meru;
ọkpehu mu dụ gẹ k'atsụ.
Ị bya eworu manụ,
eshi mkpọ wụa mu l'ishi.
11 Mu gudewaa ẹnya mu hụma
lẹ ndu ọhogu mu phẹ
bẹ e mekperu;
bya egude nchị mu nụma
lẹ ndu ẹjo-iphe,
wulihuru etso mu opfu
bẹ a vụwaru
l'ọgbarabvu.
12 Ndu pfụberekoto a-nọdu
aja ajaja gẹ mpfụ.
Ẹphe a-nọdu evu evuvu

g'oshi sida k'úbvú
úbvú Lébanọnu,
13 e yeru l'ime ụlo
kẹ Chipfu.
Ẹphe a-nọdu l'ọkpoku Chileke
anyi asọ pulapula.
14 Ẹphe -kahụchakpoo akahụ;
ẹphe amịle-a mebyi.
Ẹphe adụele-a nwata nwata;
bya amaẹle-a rọoroo;
15 k'ọphu ẹphe e-shi nno
goshi lẹ Chipfu bụ onye
pfụberekoto;
bya abụru
agbara-mkpuma nkemu;
tẹme ọphu ọ dụdu iphe,
apfụduru-ọto,
oomeje.

# 93

1 Chipfu bụakwaa eze!
Akpabiri bẹ ọ gbaphuru
g'onye gbaphuru ẹkwa;
bya agbaphukwaphọ
ọkpehu g'onye
gbaphuru ẹkwa.
Mgboko bẹ o meru;
ọ ngụru angụru;
k'ọphu bụ l'ọ tọ dụdu
onye sụru iya enwubata.
2 Aba-eze ngu ngụru angụru
e shi l'edenwede.
Gụbedua shirọ l'ojejoje

nọduta.
3 Gụbe Chipfu;
eze-ẹnyimu byaakwaru
utso;
mbụ l'eze-ẹnyimu bẹ
aanụakwa ụkporo iya
l'ẹka ọoso kẹ gborogboro;
tẹme eze-ẹnyimu nọdu
atụwa oke akparamini
gude abya utso.
4 Obenu lẹ Chipfu,
bu l'igwe parụ ẹka;
k'ọphu bụ l'olu nkiya
daghataru mgbẹka,
eze-ẹnyimu anọduje echi.
Tẹme ọkpehu nkiya ka k'oke
akparamini
eze-ẹnyimu shii.
5 Gụbe Chipfu; iphe,
ị tọru ọkpa iya sụ g'e tsoje
bẹ i meru;
ọ pfụru pfụshia ike.
Ụlo ngu bụ iphe, meru iya;
ọ dụ ùbvù l'ẹnya bụ
l'ọ dụ nsọ;
tẹme ọ bụru g'ọo-dụ iya
bụ ono gbiriri
jasụ lẹ tuutuutuu
lẹ mịimiimii.

# 94

1 Gụbe Chipfu, bụ Chileke,
bụ onye agwatajẹ ụgwo iphe;

jiko wanaa g'ẹnyanwu
g'a hụma ngu!
2 Gbalihunu gụbe onye ekpeje
mgboko l'ophu ikpe!
Jiko pfụnaa ndu eku onwophẹ
ụgwo, gbaru phẹ nụ!
3 Gụbe Chipfu; ?ndu ẹjo-iphe
a-gbọkpo kwakoko-a,
ẹphe agbọ-a jasụ teke ole?
4 Ndu eme ẹjo-ememe
anọduje etu onwophẹ
ọphushugbu.
Ẹphe epfunụkaje okporokpo
opfu,
ọnu phẹ asụdu epfupfu.
5 Ndibe gụbe Chipfu bẹ ẹphe
egweje uji; mbụ ndu ono,
bụ okiphe ngu ono bẹ ẹphe
akpapyashị ishi.
6 Ụnwanyi, ji phẹ nwụhuru;
yẹe ndu lwarụ alwalwa
bẹ ẹphe aphụje aphụphu.
Ẹphe eworu ndu enwedu
nna gbushia.
7 Ọobujeru; ẹphe -nọdu;
ẹphe asụ: “Chipfu ta adụkwa
iphe, ọohumaje;
mbụ lẹ Chileke kẹ Jiékọpu
ta adụkwa iphe,
ọokpa ishi iya.”
8 G'ọwa-a dokwaa unu ẹnya;
unubẹ ndu egomunggo
swehuru l'echilabọ

ụnwu-eliphe; mbụ-a;
unubẹ ndu eme eswe;
?bụ teke ole bẹ
unu a-makpọoru iphe?
9 ?Bụ onye ono, bụ iya
pfuberu nemadzụ nchị
ta anụdu iphe
lẹ nchị?
Tọo ?bụ onye ono,
moberu nemadzụ ẹnya
ta aphụdu ụzo l'onwiya?
10 ?Bụchia onye ono,
agbẹje ahụ̀ ndu amadụ
iya nụ ahụ̀hù ono
te edobedu unu g'unu
a-dụ;
mbụ ?bụ yẹbedua ono,
anọduje ezi nemadzụ
mmamiphe gbẹchia ọphu
ọ madụ iphe l'onwiya?
11 Chipfu makọtaru iphe,
nemadzụ anọduje arị.
Ọ maru l'ọriri phẹ bụkota
iphe-mmanụ.
12 Sụ-a; ẹhu-ụtso bẹ a gọru
nụ onye gụbe Chipfu
ahụ̀je ahụ̀hù;
mbụ onye iigudeje ekemu
ngu ezi iphe.
13 Onye ono bẹ iimeje gẹ
meji nmapfuru m'ọ
nọdu eje iphe-ẹhuka;
jasụ mbọku,

ee-bu nsụ gẹ ndu ẹjo-iphe
wụlahu.
14 Noo kẹle Chipfu ta
abyakpọdaa aha ndibe
iya;
ọphu ọ byakpodaa ekwe gẹ
ndu bụ okiphe iya laa l'iswi.
15 Noo kẹle ndu-ikpe a-wata
ekpe ikpe, pfụru ọto.
Ọ bụerupho ndu obu phẹ gụru
ìphóró bụ ndu a-dụ ike
tsokọta ikpe ono.
16 ?Bụ onye a-gbẹshi pfụ-doru
mu;
mekpeeru mu ndu
ẹjo-iphe?
?Bụ onye a-pfụru l'ẹkiya
nkemu lwụ-kpeeru mu ndu
eme ẹjo-ememe?
17 Ọ tọ bụ lẹ Chipfu gbaru
mu mkpu;
mẹ mu anọduhawaro l'alị
ọ-larụ-nọdu-nggujingguji
teke dụ ẹnya.
18 Teke mu chiru mkpu sụ
l'ẹpurukutu echikọtaakwa
mu bẹ n-yemobu nkengu
wọtaru mu gẹ mu ta ada.
19 Teke mu watarụ arị oke ọriri
bẹ ị dụru mu obu mee;
ẹhu tsọahaa mu ụtso.
20 ?Ii-kwe gẹ gụ lẹ ndu-ishi,
ete emedu iphe,

pfụru ọto megba iphe;
mbụ ndu egudeje ekemu
emekpa ndu ẹphe achị ẹhu?
21 Ẹphe edzukobeje g'ẹphe
kpapyaa ndu
pfụberekoto ishi.
Ẹphe woru onye adụdu iphe,
o meru kpee mpfugbu.
22 Obenu l'ọo Chipfu bụ onye
egbobutaje mu nụ.
Ọo Chileke mu bụ oke
agbara-mkpuma ono,
mu agbabajẹ je
edomia onwomu ono.
23 Ọo ya a-pfụ phẹ ụgwo iphe-ẹji,
ẹphe eme;
tẹme ọ bụru iya e-mebyishi
phẹ k'ẹjo-iphe ono,
ẹphe eme ono.
Ọo Chipfu, bụ Chileke anyi
e-mebyishi phẹ.

# 95

1 Unu bya g'anyi gụa ebvu
ẹhu-ụtso gude jaa
Chipfu!
Unu g'anyi tụa ụzu ẹhu-ụtso
gude kwabẹ iya ùbvù;
mbụ onye ono,
bụ agbara-mkpuma,
adzọje anyi ono!
2 Unu g'anyi bya l'iphu iya bya
ekele iya ekele!

Anyi egude ebvu-ọma tụa
ụzu ẹhu-ụtso gude kwabẹ
iya ùbvù!
3 Kẹle Chipfu bụ Chileke,
parụ ẹka;
bya abụru onye eze,
parụ ẹka;
onye kakọta agwa,
ndu mgboko l'ophu shii.
4 Ẹka omilomi alị jeberu
bụ iya bẹ ọ dụ l'ẹka.
Mkpakpọnu oke úbvú
bụru iya nwe iya.
5 Eze Ẹnyimu bụ nkiya kẹle ọo
ya meru iya;
tẹme ọ bụru iya gude ẹka
iya meta alị-ọkponku dobe.
6 Unu bya g'anyi phozeta
baarụ iya ẹja!
G'anyi gbua ikpere l'iphu
Chipfu ono, bụ iya meru
anyi ono.
7 Kẹle ọo ya bụ Chileke anyi.
Anyi bụru ndu ooche g'onye
eche atụru;
mbụ anyi bụru ụnwu
atụru, nọ iya l'ẹka.
Ọo ya bụ; teke unu nụmaru
olu iya ntanụ ọwa;
8 Unu ta akpọchikwa obu
unu gẹ ndiche unu
phẹ kpọchiru iya
lẹ Meriba.

Waa g'ẹphe kpọchiru iya
lẹ Masa l'echiẹgu;
9 mbụ ẹka ono, ndiche unu
phẹ nọru hụa yẹbe
Chileke ama bya
adalekwaa ya phọ adale;
l'ẹka ẹphe gudechaa
ẹnya phẹ hụma iphe,
ya meru.
10 Ụkporo apha labọ
mgburugburu bẹ ọgbo
ono mekọtaru yẹbe
Chileke iphe-eghu.
Ya sụru l'egomunggo phẹ
jephuhuwaru
l'eme iphe-ẹji;
ọphu ẹphe ekwedu
alwaphuta azụ bya eshia ụzo,
ya goshiru phẹ.
11 Ọo ya bụ; mu gude ẹhu-eghu
buta angụ ria sụ:
“Ẹphe ta abyadụ abata l'ẹka
mu l'ẹphe a-nọdu
tụta unme.”

# 96

1 Unu gụa ebvu ọ̀phúú nụ
Chipfu!
G'ụnwu-eliphe l'ophu gụnaa
ebvu nụ Chipfu!
2 Unu gụa ebvu nụ Chipfu;
unu tua ya ẹpha!
Unu rajẹ iya arara

mbọku-mbọku
l'ọodzoje nemadzụ!
3 Unu tụaru ndu ọhozo ọnu g'ọ
dụ-be biribiri!
Unu epfuaru ndiphe l'ophu iphe,
dụ biribiri, oomeje!
4 Noo kẹle Chipfu parụ ẹka;
bya abụru onye gbaru
g'a jajẹ iya ajaja.
G'a tsụjekwa iya phọ ebvu l'ọ
kakọta iphe, bụ agwa
ndu mgboko l'ophu shii.
5 Kẹle agwa ndiphe l'ophu
bụkota iphe, e gude ẹka mee;
obenu lẹ Chipfu bụ iya
gude ẹka iya mee igwe
l'onwiya.
6 Akpabiri yẹe ogbunwịinwii
bẹ nọ iya l'atatiphu;
tẹme ọkpehu waa
ọdu-biribiri tụkoepho
ụlo iya, dụ nsọ sweta.
7 Unubẹ ipfu l'ipfu,
dụ lẹ mgboko-a;
unu kwabẹ Chipfu ùbvù!
Unu pfua g'ọ dụ-be biribiri;
yẹe g'ọkpehu iya habe shii!
8 Unu kwabẹ Chipfu ùbvù,
gbaru iya nụ!
Unu bya anụ Chileke iphe
l'ọkpoku iya!
9 Unu yee adụ nsọ g'onye yeru
uwe baarụ Chipfu ẹja!

Unubẹ ndiphe l'ophu;
unu tsụje iya ebvu!
10 Unu karụ ọhamoha lẹ Chipfu
bụakwaa eze;
tẹme l'eliphe l'ophu bẹ e
mewaru g'ọ ngụru angụru;
k'ọphu bụ l'ọ tọ dụdu iphe,
sụru iya enwubata.
Ọ bụru Chipfu ono e-kpe
ụnwu-eliphe
mgburugburu ikpe,
pfụru ọto.
11 G'imigwe l'ophu tee ẹswa;
ẹhu atsọo ndiphe l'ophu
ụtso!
G'eze-ẹnyimu yẹe iphemiphe,
nọ iya l'ime tụkokwa
tụa oke akparamini!
12 G'ẹgu l'ophu mẹkpoo
iphemiphe, nọ iya
nụ tụko gbọo ọgboo!
Noo teke iphe, bụ oshi,
dụ l'ọswa a-gụ ebvu
ẹhu-ụtso l'iphu Chipfu.
13 Ẹphe a-nọdu l'iphu Chipfu
gụa ebvu
kẹle ọobyawaa ekpe
ụnwu-eliphe ikpe.
Oo-gude apfụbekoto iya kpee
mgboko l'ophu ikpe;
bya egude ire-lanụ
kpee ndiphe ikpe.

# 97

1 Chipfu bụakwaa eze; g'ẹhu
tsọo ndiphe l'ophu ụtso!
G'iphe, bụkpoo ọhamoha,
bukube eze-ẹnyimu
tekwa ẹswa!
2 Urwukpu mẹ ọchii nọ-pheru
iya mgburugburu.
Ọ bụru apfụbekoto yẹe
ikpe, pfụru ọto bẹ e gude
tụa ọkpa aba-eze iya.
3 Ọku evujeru ụzo je atụko
ndu ọhogu iya,
nọ-pheru iya mgburugburu
kepyashịa.
4 Ebemu, ọolo phaaphaa bụru
ìphóró, e gude ahụma
ụzo l'eliphe.
Ndiphe l'ophu -hụma iya;
ẹphe anmahụ jiijiijii.
5 Úbvú l'ophu azashịhuje
g'ụ̀nwù m'ẹphe nọdu
l'iphu Chipfu;
mbụ m'ẹphe nọdu
l'iphu Nnajịuphu ọphu
nwe mgboko l'ophu.
6 Akpaminigwe l'ophu atụ
ọnu l'ọ bụ onye
pfụberu-ẹka-ọto;
tẹme ndiphe l'ophu nọdu
ahụmaje g'ọ dụ-be
biribiri.
7 Iphe, bụkota ndu abarụ iphe,

a pyịru apyịpyi ẹja;
mbụ ndu gude nshi
eku onwophẹ bẹ e
mekọtaru iphe-iphere.
Unubẹ nshi l'ophu;
unu bya abaarụ
Chileke ẹja!
8 Ndu bu lẹ Zayọnu nụmaru
iya; ẹphe teahaa ẹswa.
Ndu Jiuda bẹ ẹhu atsọ ụtso
lẹ gẹ gụbe Chipfu egudeje
ekpe ikpe.
9 Kẹle gụbe Chipfu bụ
Ọkalibe-kakọta-shii
lẹ mgboko mgburugburu.
Ị kangokọtaru agwa,
nọ lẹ mgboko-a l'ophu.
10 Gẹ ndu yeru Chipfu obu
kpọkwa ẹjo iphe-ashị;
kẹle ọ kwa ndu dụru iya
nsọ bẹ ooletajẹ ẹnya.
Ọ bụru phẹ bẹ ọonafutaje
l'ẹka ndu ẹjo-iphe.
11 Ìphóró bẹ e meru g'ọ dụru
ndu pfụberekoto.
Ndu obu gụru ìphóró bẹ e
meru g'ẹhu-ụtso ji ẹhu.
12 Unu nọdu l'ẹka Chipfu
tee ẹswa; unubẹ ndu
pfụberekoto!
Unu tua ya ẹpha;
l'ẹpha iya dụ nsọ.

# 98

*Ebvu-ọma*

1 Unu gụa ebvu ọ̀phúú nụ
Chipfu;
kẹle o meru iphe, dụ biribiri.
Ọo ẹkutara iya;
waa oshi-ẹka iya ono,
dụ nsọ ono bẹ o gude
lwụ-kpee ọkpobe
alwụ-kpe.
2 Chipfu mewaru g'a maru
l'ọodzofutaje;
bya emewaa g'ọhamoha
maru l'ọ bụ onye
pfụberekoto.
3 Ọ nyatawaru n-yemobu,
o yeru ọnu-ụlo Ízurẹlu;
yẹe ire-lanụ,
oomeru phẹ.
Je akpaa l'ẹka igwe beru
alị beru bẹ a
hụma-dzuwaru gẹ
Chileke anyi egudeje
adzọ nemadzụ.
4 Unu tụa ụzu ẹhu-ụtso gude
kwabẹ Chipfu ùbvù;
unubẹ ụnwu-eliphe
l'ophu!
Unu gụa ebvu-ọma gụshia
ya ike gude jaa Chipfu!
5 Unu gude une gụa
ebvu-ọma gude tua

Chipfu ẹpha.
Unu egudekwaphọ une;
yẹe ebvu-ekwekwe
jaa ya ajaja.
6 Unu gburu opu ye iya;
phụa ụpyi ye iya.
Unu tụa ụzu ẹhu-ụtso gude
kwabẹ Chipfu, bụ
eze ùbvù.
7 G'oke ẹnyimu yẹe iphemiphe,
nọ iya l'ime tụkokwa tụa
oke akparamini.
Mgboko l'ophu atụa ụzu;
yẹe iphemiphe,
bu l'ime iya.
8 G'ẹnyimu ẹnyimu,
nọgbaa nụ tụko
kụa ẹka.
Úbvú úbvú anọkobe
gụa ebvu l'ẹhu atsọ
phẹ ụtso.
9 G'ẹphe tụko nọdu l'iphu
Chipfu gụa ebvu;
kẹle ọobyawaa ekpe
ụnwu-eliphe ikpe.
Ndu mgboko l'ophu bẹ
oo-kpe ikpe,
pfụru ọto;
tẹme l'ọ hakwarụpho
ndiphe l'ophu enge,
pfụru nhamụnha.

# 99

1 Chipfu bụakwaa Eze.
Gẹ ndiphe nmahụkwa
pyaapyaapyaa.
Aba-eze iya nọ l'echilabọ
chierobu.
Gẹ mgboko l'ophu nmaa
yigayiga.
2 Chipfu pakwarụ ẹka;
mbụ onye ono,
bu lẹ Zayọnu.
E woliru iya eli;
ọ kakọta ọhamoha shii.
3 G'ẹphe jaa ẹpha ngu,
bụ Ọkalibe ajaja;
mbụ ẹpha ngu ono dụ nsọ;
ndiphe nọdu atsụ iya ebvu.
4 Eze ọbu parụ ẹka.
Iphe, adụje iya ree bụ ikpe,
pfụru ọto.
Eme iphe ẹnya-nhamụnha
bẹ i meru dobe;
ọ ngụru angụru.
L'ẹhu ụnwu Jiékọpu bẹ
i meru iphe, pfụru ọto;
waa umere,
pfụru nhamụnha.
5 Unu kutsee Chipfu,
bụ Chileke anyi.
Unu bya ephozeta lẹ mgboru
ọkpa iya baarụ iya ẹja.
Ọ dụ nsọ.
6 Mósisu yẹe Erọnu shi yịru
lẹ ndu bụ uke kẹ Chileke.

Sámẹlu shi yịru lẹ ndu
shi akpọ-kuje ẹpha iya.
Ndu ono shi ekuje ẹpha
Chipfu; l'ọ za phẹ ẹnu.
7 O shi anọduje l'urwukpu,
kpụru oronmono
pfuru opfu nụ phẹ.
Ẹphe shi edobeje ekemu iya
bya eme omelalị,
ọ tọru phẹ ọkpa iya.
8 Gụbe Chipfu, bụ Chileke
anyi;
i shi azajẹ phẹ ẹnu.
A makwarụ-a l'i shi ahụ̀je
ndu Ízurẹlu ahụ̀hù
m'ẹphe shiswee ụzo ngu;
obenu l'i shi bụru phẹ
Chileke,
agụjeru onye meru
iphe-ẹji nvụ.
9 Unu kutsee Chipfu,
bụ Chileke anyi.
Unu baarụ iya ẹja l'úbvú iya,
dụ nsọ; kẹle Chipfu,
bụ Chileke anyi
dụkwa nsọ.

# 100

*Ebvu-ọma, e gude*
*ekele Chipfu ekele*

1 Unu tụa ụzu ẹhu-ụtso gude
kwabẹ Chipfu ùbvù;

unubẹ ụnwu-eliphe l'ophu.
2 Unu gude ẹhu-ụtso jeru
Chipfu ozi.
Unu gude ebvu ẹhu-ụtso gude
bya l'iphu iya.
3 Unu makwarụ lẹ Chipfu
bụ Chileke.
Ọo ya meru anyi;
tẹme anyi bụru nkiya.
Anyi bụ ndibe iya;
bya abụru atụru,
ooche echeche.
4 Unu gude ebvu-ekele bahụ
ibe iya.
Unu egude ebvu-ajaja
jerwua l'ọkpoku iya.
Kele iya ekele tua
ya ẹpha.
5 Kẹle Chipfu bụ onye ọma;
tẹme n-yemobu nkiya
nọdu anọje jasụ
l'ojejoje.
Ọopfushije ike l'iphe,
o pfuru; e -shi l'ọgbo
sweru ọgbo.

# 101

*Ebvu-ọma, Dévidi deru*

1 Mu a-gụ ebvu guku
n-yemobu ngu;
yẹe ikpe ngu, pfụru ọto.
Mu a-gụ ebvu gude tua gụbe
Chipfu ẹpha.

2 Ndzụ mu bẹ mu a-tọ nwẹhu
mee g'ọ tọ dụ ẹka ụta
a-dụ iya.
?Bụkpoo teke ole bẹ
ịi-kpapfuta mu?
Mu e-gude obu, adụdu ẹka
ụta dụ iya buru l'ibe mu.
3 Ọ tọ dụdu ẹjo-iphe,
mu bya ekwe g'o shisweta
mu iphu.
Umere ndu te etsodu ọkpobe
opfu ono dụ mu ashị;
ọphu mu ahadụ gẹ mu
l'ẹphe rakụru.
4 Ndu ụzo phẹ gberu nggọ bẹ
mu a-chịfuje l'ẹka mu nọ;
ọphu ọ dụdu iphe,
anyi l'ẹjo-iphe jigba.
5 Ndu anọduje evu nwibe
phẹ nvu-azụ bẹ mu
e-me g'ẹphe bụru
ọla-l'iswi.
Ndu etu onwophẹ
ọphushugbu;
waa ndu eku-onwonye
dụ l'obu bẹ mu ta
atagbukwa lẹ nshi.
6 Ndu apfụshije ike l'iphe,
ẹphe pfuru lẹ mkpụkpu-a
bẹ mu a-nọdu eleta ẹnya;
k'ọphu anyi l'ẹphe
a-tụko buru jasụru;
mbụ l'onye ụta adụdu l'iphe,

oome e-mechaa ejeru
mu ozi.
7 Ọ tọ dụdu ndu ẹregede
m'onye lanụ,
mu bya ekwe g'o buru
l'ibe mu;
ọphu ọ dụkwapho ndu
atụ kporoko m'onye lanụ,
mu bya ekwe g'ọ pfụru
pfụshia ike l'iphu mu.
8 Ụtsu mbọku-mbọku bẹ mu
e-meje g'iphe,
bụ ndu ẹjo-iphe,
nọ l'alị-a dobe ọnu doo.
Mu a-tụko ndu eme iphe-ẹji
bufu lẹ mkpụkpu
kẹ Chipfu.

# 102

*Epfupfu, onye eje iphe-ẹhuka epfu anụ Chileke*

*Opfu, o pfuru teke ike abvụ iya abvụbvu; gụru aphụ, nọ iya l'obu nụ Chipfu*

1 Nụmanu epfupfu, mu epfu
anụ ngu jiko Chipfu!
Gẹ mkpu, mu echi rwunaa
ngu nchị!
2 Ta agbakụtakwaru mu azụ
nta-a, mu eje iphe-ẹhuka-a!
Ngabẹnuru mu nchị!
Zanụ mu ẹnu ẹgwegwa

nta-a,
mu eku ngu oku-a!
3 Kẹle ndzụ mu l'ophu
phukahụwaru
g'ẹnwuru-ọku.
Ọkpu mu nọdu enwu
phuruphuru g'icheku-ọku.
4 Obu mu bẹ e gburu
pyaapyaa;
ọ nwụa lwaa g'ẹswa;
k'ọphu o meru mu;
mu zọhaa eri nri.
5 Mu tsụwaru oke ude
gbiriri jasụ mu wụfu
koru g'ẹda akpọ;
bya abụru ọkpu wụshiru.
6 Mu dụ gẹ mgbashị-ujiku,
kwarụ l'echiẹgu;
gẹ mgbashị-ujiku,
beru l'ẹka e meru
umerekete.
7 Mu zẹ nwụru ẹnya.
Mu dụwaa gẹ nwẹnu,
beru nkịnyi iya l'eli
mkpotsu-ụlo.
8 Ndu ọhogu mu anọduje
ekweru mu une mkpụrumkpuru.
Tẹme ndu achị mu lẹ njọ
gudewaa ẹpha mu
ephu iphu.
9 Ọo ntụ bẹ mu erije l'ọ
bụru mu nri.
Mu nọdu ewojeru ẹnya-mini

gwakọbe l'iphe,
mu angụ angụngu.
10 Ọ bụru iphe, kparụ iya nụ
bụ l'ẹhu eghushi ngu
eghu ike;
kẹle i woliwaru mu bya
eworu tuphaa etupha.
11 Nwujiku ole, mu a-nọ
l'eliphe-a dụwaa
g'onyonyo ụzenyashi.
Mu anọdujeepho anwụ
lwaalwaa g'ẹswa.
12 Obenu lẹ gụbe Chipfu
sụru gẹdemu l'aba-eze
ngu ojejoje;
ọphu a byadu azọha
ẹpha ngu azọha;
e -shi l'ọgbo sweru ọgbo.
13 Ịi-gbalihu-a phụaru
Zayọnu obu-imemini;
kẹle o rwuwaru teke
ii-meru iya eze-iphe-ọma;
mbụ mẹ teke ono,
a họtakpooru ahọta
dobe ono rwuẹpho;
14 kẹle mkpuma iya dụ ndu
ejeru ngu ozi mkpa.
Ọobujeru; ọ -kpụa udzu tụuu;
imemini iya adụshia phẹ ike.
15 Ọhamoha a-tsụ ẹpha gụbe
Chipfu ebvu.
Ndu eze, nọkota lẹ mgboko
l'ophu a-kwabẹ

o-gbu-nwịinwii ngu ùbvù;
16 kẹle Chipfu e-gude ẹka iya
kpụkwaa Zayọnu;
bya egude o-gbu-nwịinwii
ya lụfuta.
17 Ọo-ngabẹ nchị l'epfupfu,
ndu adụdu g'ọ dụ phẹ
epfu anụ iya;
ọphu oohudu arwọrwo,
ẹphe arwọ iya l'alị.
18 G'e dee ọwa-a l'ẹkwo
doberu ọgbo ọphu
aa-nwụ l'iphu;
k'ọphu ndu ono,
e teke atsụtakpodaanu
ime phẹ ono e-tu
Chipfu ẹpha.
19 Lẹ Chipfu gbẹkwa l'eze-ụlo
iya l'ephekerephe
ẹka ọonoje;
mbụ l'ọ gbẹ l'imigwe gbua
igo l'eliphe;
20 gẹ ya nụma ude,
ndu mkpọro atsụ;
shi nno mee gẹ ndu e
kperu mpfugbu nweru
onwophẹ.
21 Ọo ya bụ g'aa-kọo kẹ Chipfu
lẹ Zayọnu;
tua ya ẹpha lẹ Jierúsalẹmu;
22 mẹ ọhamoha waa
alị-eze ndiphe l'ophu
dzukọbeepho g'ẹphe baarụ

Chipfu ẹja.
23 Lẹ mu byakwa ejejaha ụzo
ndzụ mu ẹbo;
ọ tụkowa ike,
shi dụ mu nụ nashịchaa
mu;
bya egbubọta ndzụ mu.
24 Ọo ya bụ; mu sụ: Te kutashịnu
mu; jiko Chileke mu;
l'ẹbe adụ gẹ mu
nọ-bewaru lẹ mgboko;
lẹ gụbedua bẹ apha
nkengu a-nọkwa
shi l'ọgbo sweru ọgbo.
25 Eshikpọo lẹ mbụ bụ ngu
tụru ọkpa eliphe l'ophu.
Tẹme ọ bụru ngu gude
ẹka ngu mee igwe.
26 Iphemiphe ono e-mechaa
lakọta l'iyi;
obenu lẹ gụbedua
l'a-dụ g'ị dụ;
mbụ-a; l'iphemiphe ono
e-mechakwaa kashịhu
g'uwe.
Ọo g'aagbanweje uwe-a
bụ g'ii-mechaa gbanwee
phẹ; nkephẹ abvụ.
27 Obenu lẹ gụbedua
bụepho onye ị bụ bẹ ị bụ;
ọphu apha nkengu
abvụdu abvụbvu.
28 Ụnwu, ndu ejeru ngu ozi

nwụtaru
l'e-buru kwaseṛu;
l'e mekwaphọ g'awa phẹ
ngụru angụru
l'iphu ngu.

# 103

*Ebvu, Dévidi deru*

1 Gụbe obu mu; tua Chipfu
ẹpha.
Iphe, bụkpoo iphe, dụ mu
l'ime ẹhu; tua onye ono,
ẹpha iya dụ nsọ ono ẹpha.
2 Obu mu; jiko tua Chipfu
ẹpha;
ọphu ọ dụkwa urwu,
eeritajẹ iya l'ẹka mẹ nanụ,
ịi-zọha azọha
3 Ọogujeru mu nvụ l'iphe-ẹji,
mu meru g'ọ ha;
tẹme ọ nọdu emeje gẹ
mu ka mma l'iphe,
bụkpoo iphe,
eme mu nụ.
4 Ọogbafutaje ndzụ mu
g'ọ tọ la l'ilu;
bya ekpube mu n-yemobu;
waa obu-imemini g'okpu-eze.
5 Oogudeje iphe, dụ ree zụ-jia
mu ẹpho;
tẹme ọ nọdu emeje gẹ
mu lwa azụ lẹ nwẹpa
g'ugo.

6 Chipfu emeje iphe, pfụru ọto;
tẹme ọ nọdu ekpeje ndu e
eme ewere ikpe,
pfụru nhamụnha.
7 O meru gẹ Mósisu maru
ụzo iya;
bya emee gẹ ndu Ízurẹlu
maru iphemiphe, oome.
8 Chipfu bụ onye aphụje
obu-imemini;
bya abụru onye emeje
eze-iphe-ọma.
Ẹhu te eghujedu iya eghu
ẹgwegwa;
tẹme ọ nọdu eyeje obu
yegharụ iya ẹka.
9 Ọ tọo bajẹdu mba tekenteke;
ọphu ọovujedu ọvuma
jasụwaruroya.
10 O too lejedu g'iphe-ẹji
anyi gbaru eme anyi;
ọphu ọopfujedu anyi
ụgwo ẹjo-iphe,
anyi emegbabẹ.
11 Kẹle ọo g'igwe nọ-be alị
ephekerephe bụ g'ọ habe;
mbụ eye obu,
o yeru ndu atsụ
iya ebvu.
12 Ọ bụru g'ụzo
ẹnyanwu-awawa dụ-be
ẹnya l'ụzo ẹnyanwu-adada;
bụ g'ẹka o wofuru emeswe,

anyi mesweru iya je
edobe habe ẹnya l'ẹka
anyi nọ.
13 Ọ bụru gẹ nna aphụjeru nwa
iya obu-imemini-a;
bụkwapho gẹ Chipfu
aphụjeru ndu atsụ iya ebvu
obu-imemini.
14 Kẹle ọo ya maru g'e gude
mee anyi.
Ọonyataje l'ọo urwuku mmanụ
bẹ anyi bụ.
15 L'a -bya lẹ nemadzụ bẹ eswe
ndzụ iya dụ g'ẹswa.
Ọonoduje aba yoyoyo g'okoko,
nọ l'ẹgu.
16 Phẹrephere -ziẹpho kpua ya
nwanshịi l'o phukashịhu.
Ẹka o shi nọdu ta
anyatabẹedu iya ọzo.
17 Obenu lẹ-a; e -shi lẹ gbururu
jeye lẹ gbururu bẹ
n-yemobu kẹ Chipfu adụje
l'ẹhu ndu atsụ iya ebvu;
tẹme l'o wokwarụpho
apfụbekoto nkiya doberu ụnwu
nwanwanwaranwa
ndu ono;
18 mbụ l'ẹhu ndu ọphu
edobeje ọgbandzu iya;
bya anyatajẹ dobe ekemu,
ọ tụru doberu phẹ.
19 Chipfu mewaru g'aba-eze

iya ngụru angụru l'imigwe;
tẹme abụbu,
ọ bụ eze dzuru ọha l'ophu.
20 Unubẹ ụnwu-ojozi-imigwe
kẹ Chipfu; unu tua ya ẹpha;
mbụ unubẹ ndu ike dụ,
bya abụru ndu eme
opfu iya.
21 Unu tua Chipfu ẹpha;
unubẹ ụnwu imigwe l'ophu;
mbụ unubẹ ndu-ozi iya,
l'eme iphe, bụ uche iya.
22 Unu tua Chipfu ẹpha;
unubẹ iphe,
o meru ememe dobe l'ẹka
ọ bụ eze.
Gụbe obu mu; tua Chipfu ẹpha.

# 104

1 Gụbe obu mu; tua Chipfu
ẹpha.
Gụbe Chipfu, bụ Chileke mu;
ị parụ ẹka apaa.
Ị gbaphuru adụ-úbvú yẹe
adụ-akpabiri g'onye
gbaphuru ẹkwa.
2 Ìphóró bẹ i yeru g'onye
yeru uwe.
Imigwe l'ophu bụ gụbedua
gude ẹka ngu phụshi
iya g'onye phụshiru
ụlo-ẹkwa;
3 bya eworu uko ụlo ngu

gbaa l'eli akpaminigwe.
I meru urwukpu;
ọ bụru ụgbo-ịnya ngu.
Ị nọdu atukojeru phẹrephere
lẹ ǹkù ephe.
4 I meru phẹrephere;
ọ bụru onye-ozi ngu;
bya emee
onwu-phuruphuru-ọku;
ọ bụru onye iizije ozi.
5 Ọo ngu tụru ọkpa eliphe
l'ophu;
k'ọphu bụ l'a ta abyadụ
enwubata iya enwubata
jasụ l'ojejoje.
6 I woru eze-ẹnyimu kpua
ya g'onye kpuru uwe;
k'ọphu mini ha l'eli
kakọta úbvú l'ophu
l'eli.
7 Obenu l'ọo mba bẹ ị barụ
eze-ẹnyimu ono;
o keta ọso gbaa mgbalanụ;
mbụ l'ọ nụmaerupho ọ́rà,
ị gbẹ l'imigwe raa;
ọ gbalachaa.
8 Ọ nọdu asọ gborogboro awụ̀
oke-úbvú awụ́wù asọ
ala l'o-bua-ozee ọkpa úbvú.
Ọ sọkwaseru ụzo,
ị tọru iya ọkpa iya.
9 Ị kpawaru iya oke ẹka ọ tọo
sọghatajedu;

k'ọphu ọ tọ byadu
erimigbuba mgboko ọzo.
10 O mewaru gẹ mini shije
l'ọgba gbaa dẹredere
kwasẹru ọkpa-úbvú.
Ootsojeru mgbaka
úbvú epyophe.
11 Ọ bụru iya echebeje ụnwu
anụ, bu l'ẹgbudu mini
g'ẹphe ha.
Nkapfụ-ịgara-ọswa nọdu
angụ iya mini.
12 Ẹnu, ephe l'eli nọdu anọduje
l'agụga nggele ono
akpa ẹpfune.
Ẹphe nọdu anọduje
ebephe l'ẹkali-oshi ono
agụ ebvu.
13 Ọ nọdu agbẹje l'ẹka o bu
agba mini l'úbvú.
Mgboko l'ophu bẹ iphe,
oome jikpọru ẹpho.
14 Ẹswa bẹ o meru;
ọ nọdu erwushije k'ọphu
iphe-edobe a-tajẹ nri;
bya emee iphe-akọko
dobe gẹ nemadzụ
gudeje kọo opfu kọbe
iphe l'alị;
15 gude kụta mẹe,
aangụje g'obu tsọo ụtso;
bya emeta manụ,
aanyịje g'iphu maa mma;

waa nri,
eerije gẹ ndzụ dụ.
16 Oshi Chipfu bẹ ọogbaje
mini ree;
mbụ oshi sida ọphu dụ
l'úbvú úbvú Lébanọnu,
bụ oshi ọphu o yeru
l'onwiya.
17 Ọ bụru l'eli ẹka ono bẹ ẹnu
akpajẹ ẹpfune.
Eze-ọku-eswi-ụda woru
ephekerephe oshi payịnu
mee unuphu ibe iya.
18 Oke-úbvú oke-úbvú bụ
ndu bu iya nụ bụ
eghu-ọswa.
Ọgba bụru ẹka nchi-ọgba
anọduje ezeru ndzụ.
19 O meru ọnwa g'e gudeje gụ
apha.
Ẹnyanwu nọdu amajẹru teke
ya a-rịba.
20 Ọobujeru; teke i meru;
ọchii wata agbagba
l'ọ bụru iya bụ lẹ
nchi ejihu.
Iphe, bụkpoo anụ,
nọ l'ọswa eshi l'ẹka ẹphe
nọ wụfukota jeshia achọ
iphe, ẹphe e-ri.
21 Oduma asụahaa ekiri achọ
nri, oo-ri; mbụ nri,
shi l'ẹka Chileke.

22 Teke ẹnyanwu waẹrupho;
ẹphe ezita onwophẹ ezita;
je domia l'ọgba phẹ.
23 Nemadzụ agbẹshi teke onoya
jeshia l'ẹgu.
Ooje anọdu l'ẹgu jee ozi
jasụ l'ụzenyashi.
24 Gụbe Chipfu; ozi, iijekọta
bụkwa agụta agụta.
Iphemiphe ono bụkotaru
mmamiphe nkengu bẹ i
gude mekọta iya;
mbụ lẹ mgboko l'ophu
bẹ iphe,
jiru iya nụ bụkota iphe,
i gude ẹka mee.
25 Eze-ẹnyimu ha shii bya adụ
ọsa.
Ọ bụru l'ime iya bẹ
agụta agụta anụ bu;
mbụ iphe, nọ ndzụ;
ndu ọphu ha shii;
mẹ ndu ọphu ha nwanshịi.
26 Ọ bụru l'eli iya bẹ aanọduje
angaphe ụgbo-mini.
Tẹme ẹjo-oke-agiyi ono,
bụ ngu gude ẹka ngu
mee ya ono nọdu ebvu
mini l'ime iya.
27 Iphemiphe ono bụ ngu bẹ
ẹphe tụko ele ẹnya l'ẹka
g'ị nụje phẹ nri
l'orwuberu iya.

28 Teke ị nụru phẹ iya;
ẹphe achịkobe iya
l'onwophẹ.
Teke ị sarụ ẹka; iphe,
dụ ree enwushihu;
ẹphe egude iya
rijia ẹpho.
29 Teke i domiru phẹ iphu ngu;
ndzụ-agụgu erwuta phẹ.
Teke ị natarụ phẹ unme,
ẹphe atụ;
ẹphe anwụhu bụru
ẹja alị.
30 Teke i kuru Unme ngu ye phẹ
l'ẹhu; ẹphe abụru iphe,
e meru k'ọ̀phúú.
Ị nọdu emeje iphu mgboko
l'ophu g'ọ dụ ọ̀phúú ọ̀phúú.
31 G'o-gbu-nwịinwii Chipfu
dụkwa g'ọ dụ jasụ
l'ojejoje.
G'ozi, Chipfu gude ẹka iya
jee mekwa g'ẹhu tsọo
ya ụtso;
32 mbụ onye abụjeru;
o -lee eliphe l'ophu ẹnya;
l'ọ nmahụ pyaapyaapyaa.
Teke ọ byaru ẹka l'eli úbvú;
úbvú ọbu akpụhu
tụutuutuu.
33 Mu a-nọduje agụ ebvu
anụ Chipfu lẹ ndzụ
mu l'ophu.

Mu a-gụje ebvu gude
etu Chileke mu ẹpha
jasụ gẹ mu a-nọ-beru.
34 Jiko gẹ kẹ nkiya-a,
mu arị-a tsọkwaa ya ụtso;
noo kẹle iphe,
Chipfu anọduje eme
emeje g'ẹhu tsọo mu ụtso.
35 Jiko gẹ ndu iphe-ẹji chịhu
l'eliphe l'ophu;
ọphu ndu ẹjo-iphe
adụhe adụdu ophu.
Gụbe obu mu;
jiko tua Chipfu ẹpha.
G'ajaja bụru kẹ Chipfu.

# 105

1 Unu kele Chipfu ekele;
unu kua ẹpha iya!
Unu mee g'ọhamoha
madzuru iphe, o meru!
2 Unu guku iya l'ebvu!
Unu gụa ebvu gude tua
ya ẹpha!
Unu pfukashịkwapho iphe,
bụkpoo iphe, dụ biribiri,
ọonoduje eme!
3 Unu gude ẹpha iya ono,
dụ nsọ tua onwunu ẹpha!
G'obu ndu achọ Chipfu
teje ẹswa!
4 Unu wojeru ẹnya dabẹ
lẹ Chipfu mẹ l'ọkpehu

iya!
Mbụa unu chọje iphu
iya mkpụrumkpuru!
5 Unu nyatakwa iphe,
dụ biribiri, o mekọtaru;
waa iphe-ọhumalenya,
o meshigbaaru;
waa ikpe, o kperu;
6 unubẹ oshilọkpa Ébirihamu,
bụ onye-ozi iya;
unubẹ ụnwu Jiékọpu,
bụ ndu o gude ẹka iya họta.
7 Ọ kwa iya bụ Chipfu;
bya abụru Chileke anyi.
Ikpe iya tụkoru mgboko
vọo pfurupfuru.
8 Ọgbandzu iya bẹ ọonyataje
jasụ lẹ tuutuutuu
lẹ mịimiimii.
Ukwe-iphe, o kweru bẹ eshije
l'ọgbo sweru ọgbo.
9 Ọgbandzu ono,
yẹle Ébirihamu gbaru ono;
mbụ angụ ono,
o riburu Áyizaku ono;
10 bẹ o meru; ọ bụru ekemu
l'ẹhu Jiékọpu.
Ndu Ízurẹlu bẹ o meru iya;
ọ bụru ọgbandzu,
a-nọ ojejoje;
11 sụ phẹ: “Ọo unu bẹ mu
a-nụ alị Kénanu

g'ọ bụru okiphe,
unu ketarụ."
12 Teke ono bẹ ẹphe shi
habe nwahabe;
mbụ teke ẹphe shi
ha nwa chịaka-chịaka;
bụru ndu lwarụ
alwalwa l'alị ono.
13 Ẹphe shi etsojeru
ọhamoha aghaphe.
Ẹphe -shi l'alị-eze ọwa-a;
ẹphe alụfu l'alị-eze
ọphuu.
14 Ọphu ọ dụdu onye o kweru
g'o mee phẹ ewere.
Ọ nọdu egudeje opfu ẹhu
phẹ baarụ ndu eze mba;
15 sụ phẹ: "Unu te edenyikwa
ndibe mu,
mu họfutaru ẹka!
Unu ba adụkwa iphe,
unu e-me ndu epfuchiru
mu nụ!"
16 O meru; ọkpa-nri bya l'eliphe;
shi nno woru nri,
ẹphe nweru enweru
mebyishichaa.
17 O ye nwoke lanụ g'o vuru
phẹ ụzo;
mbụ Jiósẹfu, onye ono,
e reru; ọ bụru ohu ono.
18 Ẹphe tụa ya mkpọro l'ọkpa;
huswashịa ya ọkpa;

bya eworu
agadagba-ígwè
ye iya l'olu;
19 gbiriri jasụ mbọku,
o pfuru opfu;
ọ vụa g'o pfuru iya;
mbụ jasụ opfu,
Chipfu pfuru mee g'a
maru l'ọ bụ onye ire-lanụ.
20 Noo ya bụ; eze zia sụ g'e je
ewehaa ya.
Onye bụ ishi ọha woru iya
wehaa;
o nweru onwiya.
21 O woru iya mee onye-ishi
unuphu ibe iya l'ophu;
mbụ onye elekọta
iphemiphe,
o nweru enweru;
22 sụ iya g'ọ hụ̀je ndu-ishi
ahụ̀hù teke dụ iya ree;
l'o zije ndu bụ ọgerenya
l'alị-eze iya mmamiphe.
23 Ọo ya bụ; ndu Ízurẹlu
lanaa Ijiputu.
Ndibe Jiékọpu jenụ
abụru ndu lwarụ alwalwa
l'alị Hamu.
24 Chipfu bya emee ndibe iya;
ẹphe nọdu azụ azụ̀zù
shii.
O mẹe phẹ; ẹphe paa igwerigwe;
shi nno kapyabẹ ndu

ọhogu phẹ.
25 O woru obu ndu ọhogu phẹ
ono ghaphua.
Ndibe Chipfu ono bya adụ
ndu ono ashị.
Ẹphe wata achịru ndu-ozi
iya ono ẹjo idzu.
26 Ọ bya ahọta Mósisu,
bụ onye-ozi iya;
bya ahọta Erọnu bya
eworu phẹ zia;
27 ẹphe je emeshia
iphe-ọhumalenya
nkiya l'echilabọ phẹ;
bya egoshi phẹ iphe,
dụ biribiri kẹ Chipfu
l'alị Hamu.
28 O ziru ọchii ozi;
o je emee alị ono;
ọ gbahụ tsụkiriba;
noo kẹle ndu Ijiputu
kwefuru opfu Chileke ike.
29 Ọ bya emee; mini,
nọ l'alị phẹ ghọkota
mee.
Ẹma, dụ iya nụ tụko
nwụshihukota.
30 Mbara tụko alị phẹ
mgburugburu jikọta
pyịmu kwọchaa
nkwọtankwo;
bahụchaa lẹ mkpuru
ẹka ndu-ishi alị phẹ

akwajẹ akwakwa.
31 Ọ bụa opfu bẹ o pfuru;
ijiji tsuaha gbiigbiigbi;
tẹme mkpụrumkpu
tụkoepho alị ẹka
ono sweta.
32 Igwe haa edze mini
wata atụ akamini;
bya atụahaa egbigwe
gbaagbaa l'alị phẹ l'ophu;
33 bya atụpyashia vayịnu phẹ
mẹ oshi figu phẹ;
bya atụko oshi,
nọ l'alị phẹ l'ophu
zijashịkota.
34 Ọ gbẹshikwa ọzo bya epfua
opfu; igube wata etsutsu;
mbụ ogu, etsu gbiigbiigbi
bụru agụta agụta.
35 Ẹphe tụko iphe, dzụ ndzụ,
ẹkwo dụ tapyashịkota
l'alị phẹ l'ophu; mbụ tụko
iphe,
ẹphe meberu l'alị g'ọ ha
tapyashịa.
36 Ọ gbẹ teke ono bya atụko
ndu bụ ọkpara
l'alị phẹ gbushia;
mbụ tụko nwa,
vuru ụzo kpọo phẹ iphu
mee umerekete.
37 Ọ bya edufuta ndu Ízurẹlu;
kporu mkpọla-ododo

yẹe mkpọla-ọchaa kpojia
phẹ ẹka;
ọphu ọ dụdu ụnwu
Ízurẹlu ono g'ọ ka mma
l'ọo onye lanụ,
mkpọ kpọru l'ọkpa.
38 Ẹhu tsọo Ijiputu ntụmatu
g'ẹphe tụgbuerupho;
kẹle ẹphe shi atsụwa
ndu Ízurẹlu ebvu
shingushingu.
39 Ọ bya aphụshiaru phẹ
urwukpu gude kpuchia phẹ;
bya akpọberu phẹ ọku
g'ẹphe gude hụma
ìphóró l'ẹnyashi.
40 Ẹphe sụru g'a nụ phẹ nri;
Chipfu bya achịru ọ̀kwà
nụ phẹ;
bya egude nri,
shi l'igwe zụ-jia phẹ ẹpho.
41 Oke mkpuma bẹ ọ tụharu
ụzo; mini shi iya sọshihu;
mbụ asọ gẹ nggele
l'echiẹgu ono;
42 noo kẹle ọ nyatarụ
ukwe-iphe, dụ nsọ,
o kweru nụ onye-ozi iya,
bụ Ébirihamu.
43 O dufuta ndibe iya;
ẹhu nọdu atsọ phẹ.
Ẹphe nọdu atụ ụzu ẹhu-ụtso

gude eje afụta;
mbụ ndu ono, ọ họtaru ono.
44 O woru alị ndu ọhozo woru
nụ phẹ.
Ọ bụru ẹka ndu ọzo riru aphụ
iya bẹ ẹphe wotaru;
ọ bụru okiphe phẹ;
45 k'ọphu ẹphe a-wata eme
omelalị iya;
dobeahaa ekemu,
shi iya l'ẹka.
G'ajaja bụru kẹ Chipfu.

# 106

1 G'ajaja bụru kẹ Chipfu.
Unu kele Chipfu ekele;
kẹle ọ bụ onye ọma.
N-yemobu nkiya anọje
jasụ l'ojejoje.
2 ?Bụ onye a-dụ ike tụa ọnu
g'iphe,
Chipfu eme habe shii?
Tọo; ?dẹnu onye a-dụ
ike tugbabẹ Chipfu ẹpha iphe,
oomeẹbe?
3 Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ ndu
anọduje eme iphe,
dụ nhamụnha;
mbụ ndu ono,
anọduje eme iphe,
pfụru ọto tekenteke.
4 Nyatakwa mu jiko Chipfu;
teke ịi-wata egoshi lẹ

ndibe ngu dụ ngu l'obu!
Byakwa agbaarụ mu mkpu
m'ị byatashịa phẹ adzọta!
5 K'ọphu mu a-hụma ọ-dụ-ree,
i doberu ndu ị họtaru;
tsokwaru phọ ọha ono,
bụ nkengu ono tee ẹswa;
mbụ tsoru ndu ono,
bụ okiphe ngu ono tua
ngu ẹpha.
6 Anyi meakwaru iphe-ẹji gẹ nna
anyi oche phẹ meru.
Anyi mekwarụ ẹjo-iphe;
mbụ l'anyi mewaru iphe,
apfụduru-ọto.
7 Teke nna anyi oche
phẹ shi nọdu lẹ Ijiputu
bẹ iphe, dụ biribiri,
i shi emeje te eshidu
edoje phẹ ẹnya.
Ọphu ọ dụdu ikpoto
iphe-ọma ngu, dụru ọphu
ẹphe nyatarụ.
Ẹphe kwefuru ngu ike
l'agụga Eze-ẹnyimu
Uswe-uswe ono.
8 Ọle o gudeẹle-a g'ẹpha iya
apfụru dzọo phẹ;
k'ọphu aa-maru l'ẹpha
iya parụ ẹka apaa.
9 Ọ barụ Eze-ẹnyimu
Uswe-uswe mba; mini,
nọ iya nụ tashịhu.

O dua phẹ ghaa echi
ogbu-mini g'onye agha
echiẹgu.
10 Ọ dzọtaru phẹ l'ẹka ndu
ọhogu phẹ;
gbafụta phẹ l'ẹka ndu ẹphe
dụ ashị.
11 Mini rikọta ndu achị phẹ
lẹ njọ;
ọphu ọ dụdu g'ọ ka mma
l'ọo onye lanụ, warụ nụ.
12 Noo teke ẹphe kwetarụ l'iphe,
o kweru ukwe ememe bẹ oomeje;
bya agụa ebvu gude tua
ya ẹpha.
13 Ọphu ọ dụdu g'ọ nọ-beru;
ẹphe zọhaa iphe ono,
o meru ono;
tẹme ọphu ẹphe angabẹjeedu
g'ọ chị-koshi phẹ idzu.
14 Ẹphe rwua l'echiẹgu ono;
ẹphe wata eme iphe,
agụ phẹ nụ;
mbụ ọ bụru l'alị ono,
dabyiru mgbegere ono
bẹ ẹphe hụru Chileke ama.
15 Ọo ya bụ; ọ nụnu phẹ iphe,
ẹphe sụru g'a nụ phẹ.
Ọ nụchanaa phẹ iya;
bya evuru ẹjo iphe-ememe
byabẹ phẹ l'ishi.
16 Ẹphe rwua l'ẹka ẹphe
kpọberu ụlo-ẹkwa

phẹ g'ẹphe butọta.
Ọ dụru ndu watarụ ejiru
Mósisu yẹe Erọnu ijiẹnya;
mbụ ụmadzu labọ ono,
Chipfu họtaru dobe iche
ono.
17 Noo ya; alị ghekahụ ẹbo
lwee Detanu;
bya atụko Abiramu yẹe ndu
ẹphe l'iya swị lia lẹ ndzụ.
18 Tẹme ọku nwulihu kẹ
phoophoophoo bya
etsufu ndu etsoje phẹ nụ.
Ọku ono tụkoepho ndu
ẹjo-iphe ono tsufu.
19 Ẹphe rwukwaa l'úbvú
Horẹbu;
ẹphe je eworu agwa dobe;
mbụ gude mkpọla-ododo
wụa nweswi dobe
baahaarụ iya ẹja.
20 Ẹphe gude ọdu-biribiri
phẹ ono, bụ Chileke
gude je agbanweta iphe,
a kpụru; ọ dụ g'eswi,
ata ẹswa.
21 Ẹphe zọhaa Chileke ono,
dzọru phẹ nụ ono;
mbụ onye ono,
meru iphe,
parụ ẹka l'alị Ijiputu;
22 bya emee iphe,
dụ biribiri l'alị Hamu;
bya emekwaphọ iphe,

dụ ebvu l'agụga
Eze-ẹnyimu Uswe-uswe
ono.
23 Ọo ya bụ; ọ sụ lẹ ya
e-mebyishi phẹ;
obenu lẹ Mósisu,
bụ onye ọ họtaru jeru
apfụ-chia ụwara,
o shi abya;
g'o to gude oke ẹhu-eghu
iya mebyishikọta
g'ẹphe ha.
24 E mechaa; ẹphe woru ẹguru
alị ono nmaa phulaphula;
ọphu ẹphe ekwetaduru l'iphe,
Chileke kweru ukwe
ememe bẹ ọo-dụkwadu
ike mee.
25 Ẹphe nọdugbaa l'ime ụlo-ẹkwa
phẹ wata agụ aphụ;
ọphu ẹphe ekweẹdu eme iphe,
Chipfu sụru g'ẹphe mee.
26 Ọo ya bụ; ọ chilia ẹka eli
riaru phẹ angụ sụ lẹ ya
e-me g'ẹphe daa pọopoo
l'echiẹgu;
27 tẹme ya erwuta ụnwu
nwanwa phẹ jeye ndu
ọhogu phẹ l'ẹka.
Ẹphe achịkashia phẹ;
ẹphe agbaa nanụ nanụ
dzuru eliphe l'ophu.
28 Ẹphe gbẹshi je eworu

onwophẹ gọo l'ẹka
Balụ-Peyọ;
bya awata eri iphe,
e gburu l'agwa,
ta adzụdu ndzụ.
29 Ẹphe menaa; Chipfu vụahaa
ọvuma l'ẹjo-ememe,
ẹphe nọ megbabẹ.
Mgbu-ọnwu dabanụ
l'echilabọ phẹ.
30 Ọle Finehasu gbẹshiru bya
egboo ọgu ono sụ g'ono
ta nwụkwa;
shi nno gboo mgbu-ọnwu
ono.
31 A gụaru iya ono l'apfụbekoto,
e-shi l'ẹhu iya sweru
oshilọkpa iya jasụ l'ojejoje.
32 Ẹphe rwukwaa l'agụga
mini Meriba;
ẹphe kpatsu Chipfu iwe.
Mósisu shi phẹ l'ẹka meta
kpua onwiya.
33 Ọo kẹle ẹphe kwefuru
Unme Chileke ike meru iphe,
Mósisu gude pfua iphe,
o togo pfudu.
34 Ọphu ẹphe alwụebeduru
ndu ono,
ẹphe jepfuru l'alị ono;
gẹ Chipfu tụru phẹ
ekemu sụ g'ẹphe lwụa phẹ.
35 Ọ bụchiaru iphe,

ẹphe meru bụ l'ẹphe
jeru eworu onwophẹ
tụkobe lẹ ndu ono.
Ẹphe ghaa ẹghirigha
wata eme omelalị phẹ.
36 Ẹphe wata abarụ agwa
phẹ ẹja.
Iphe ono mechaa bụru
ọ́nyà nmata phẹ.
37 Ẹphe gude nwa phẹ nwoke;
mẹ kẹ nwanyị gude wata
agwa ẹjo ọbvu.
38 Ẹphe wata egbushi ụnwu
phẹ, adụdu iphe, ẹphe meru;
gude agwa ọbvu
ndu Kénanu.
Ẹphe gude mee ụnwu
phẹ ono merwushia alị
ono;
39 bya eshikwaphọ nno
merwushia onwophẹ;
mbụ shi nno bụru ndu
agba ụkpara.
40 Noo g'o gude Chipfu
vụahaaru ndibe iya
ọvuma;
mbụ kpọ-yiaharu ndu ono,
bụ okiphe iya ono ukuvu.
41 Ọ chịru phẹ ye l'ẹka
ndu ọhozo.
Ndu ẹphe dụ ashị bụru eze
chịahaa phẹ.
42 Ndu ọhogu phẹ kpaahaa

phẹ ẹhu.
Ndibe Chileke bya anọdu
phẹ l'ẹka.
43 Ọ dzọtakpooru phẹ
teke dụ igwerigwe;
ọle ẹka uche adụjee phẹ
phọ bụ l'eme iphe,
a sụru g'ẹphe te emeshi.
Ẹphe shi nno nọdu l'iphe-ẹji
phẹ yifu.
44 Ọle ọobujeru;
iphe-ẹhuka -byapfuta phẹ;
ẹphe -raku Chileke;
l'o rwua Chileke l'ẹhu
ẹgwegwa; l'ọ nụma
olu phẹ.
45 L'o gude opfu ẹhu phẹ
nyata ọgbandzu iya.
O gude kẹ l'o yeru phẹ
obu selaa ẹka azụ.
46 O mee g'iphe,
bụkpoo ndu kpụru
phẹ lẹ ndzụ phụaru phẹ
obu-imemini.
47 Dzọnaa anyi; jiko Chipfu,
bụ Chileke anyi.
Shinu l'ọhamoha ono
rwukọbe anyi ọzo;
k'ọphu anyi e-tu ngu ẹpha;
gụbe onye ono,
ẹpha ngu dụ nsọ ono gude
ajaja,
anyi a-ja ngu baa aba.

48 G'ajaja bụru kẹ Chipfu,
bụ Chileke kẹ ndu
Ízurẹlu gbururu jeye
lẹ gbururu.
G'onyemonye sụkwa:
"Nokwa g'ọ dụ!"
G'ajaja bụru kẹ Chipfu!

# 107

1 Unu kele Chipfu ekele;
kẹle ọ bụ onye ọma.
N-yemobu nkiya anọje jasụ
l'ojejoje.
2 Gẹ ndu Chipfu gbafụtaru
kele iya ekele l'ọ bụ
onye ọma;
mbụ ndu ọ gbatarụ l'ẹka
ndu achị phẹ lẹ njọ;
3 ndu ono, o shi l'ọhamoha
rwukọo;
mbụ ndu o jeru l'ụzo
ẹnyanwu-awawa;
bya ejee l'ụzo ẹnyanwu-arịba;
je ụzo isheli bya ejee ndọhali
je erwukọo.
4 Ọ dụru ndu ọphu bụ
l'echiẹgu bẹ ẹphe tsoru
aghaphe;
mbụ l'alị, dabyiru mgbegere,
adụdu iphe, dụ iya nụ;
ọphu ẹphe amadụ ụzo,
ẹphe e-shi jerwua mkpụkpu,
ẹphe e-je ebupyabẹ.

5 Ẹgu-nri gụru phẹ;
ẹgu-mini gụa phẹ.
Ẹphe nọdu l'ẹka ono jọo ẹhu
wụfu.
6 Tọbudu iya bụ;
ẹphe raku Chipfu g'ẹphe nọ
l'iphe-ẹhuka ono.
Ọ bya anafụta phẹ l'iphe-ẹhuka,
ẹphe eje ọbu.
7 Ọ bya edua phẹ shia ụzo,
pfụru ọto;
durwua phẹ mkpụkpu,
ẹphe e-buru.
8 G'ẹphe kele Chipfu ekele l'o
yenụkaru phẹ obu;
waa l'oomeru ụnwu-eliphe iphe,
dụ biribiri.
9 Kẹle onye mini agụ bẹ
oochejije iya ẹpho;
l'o gude iphe, dụ ree zụ-jia
onye ẹgu agụ ẹpho.
10 Ọ dụru ndu ọphu shi nọdu
l'ẹka agba ọchii bya
adụ tsụkiribaa;
mbụ bụru ndu nọ mkpọro
eje iphe-ẹhuka l'ẹka e gude
iphe-ígwè tụgbabe phẹ ọkpa;
11 kẹle ẹphe kwefuru ike l'ẹphe
te emedu opfu Chileke;
mbụ jịka l'ẹphe lẹ
Ọkalibe-kakọta-shii
ta achịdu idzu lanụ.
12 Tọbudu iya bụ;

ọ parụ phẹ haa;
ẹphe jeaha ozi mkpọnwehu.
Ẹphe jee ya jasụ ẹphe
nọdu aphọhuje daa;
ọphu ọ dụdu onye gbaru
phẹ mkpu.
13 Noo ya; ẹphe raku Chipfu
g'ẹphe nọ l'iphe-ẹhuka ono.
Ọ bya adzọo phẹ l'iphe-ẹhuka,
ẹphe eje ọbu.
14 Ọ bya edufuta phẹ l'ẹka
agba ọchii,
gbahụru kẹ tsụkiribaa,
bụ ẹka ẹphe shi nọdu;
bya agbabushia ẹgbirigba,
e shi gude tụgbabe
phẹ ọkpa.
15 G'ẹphe kele Chipfu ekele l'o
yenụkaru phẹ obu;
waa l'oomeru ụnwu-eliphe
iphe, dụ biribiri;
16 Kẹle ọonyakashije ọguzo,
a kparụ l'onyirubvu;
bya egbubushije mgbọrígwè,
e gude gbachishia ụzo.
17 O nweru ndu ọphu watarụ
eme eswe.
Ọ bụru iphe, kparụ iya nụ
bụ l'ẹphe kwefuru
Chileke ike;
tẹme e mekpaa phẹ ẹhu;
opfu l'ẹphe bụ ndu
meru ẹjo-iphe.

18 Ẹhu phẹ nafụchaa phẹ nri.
Ẹphe nọdu anwụhu phakuu.
19 Tọbudu iya bụ;
ẹphe raku Chipfu g'ẹphe
nọ l'iphe-ẹhuka ono;
Ọ bya adzọo phẹ l'iphe-ẹhuka
ono,
byapfutaru phẹ nụ ono.
20 Ọ bụru opfu ọnu bẹ o pfuru;
o mee; ẹhu dụkota
phẹ ike;
shi nno dzọta phẹ l'ilu.
21 G'ẹphe kele Chipfu ekele
l'o yenụkaru phẹ obu;
waa l'oomeru phẹ iphe,
dụ biribiri.
22 G'ẹphe gwerụ ngwẹja-ekele
nụ iya.
Ẹphe agụa ebvu ẹhu-ụtso gude
mee g'a maru g'iphe,
oome gbaru.
23 Ọ dụru ndu ọphu gude
ụgbo-mini tsoru
eze-ẹnyimu agba nghọ.
24 Ndu k'ono hụmaru ozi,
Chipfu jeru; ozi,
dụ biribiri,
o jeru l'echi ogbu-mini;
25 kẹle ọ bụ-a opfu bẹ o pfuru
l'ọnu;
oke phẹrephere wata ezizi.
O shi nno mee;
oke akparamini ono

wata atụshi ike.
26 Ụgbo-mini phẹ nọdu
awulihuje ephekerephe
ephekerephe.
L'ọ byakwa atsụbakpoo
omilomi omilomi.
Oke iphe-ẹhuka, ẹphe eje ono
mee;
obu phẹ zashịhu azashịhu.
27 Ẹphe nọdu anga anganga;
akpọ garịgari gẹ ndu
ngụshiru mẹe ike.
Mmamiphe phẹ l'ophu bụru
phẹ ọla-l'iswi.
28 Tọbudu iya bụ; ẹphe raku
Chipfu g'ẹphe nọ
l'iphe-ẹhuka ono.
Ọ bya anafụta phẹ l'iphe-ẹhuka,
ẹphe eje ọbu.
29 Ẹnyimu, aphụ oke
gborogboro bẹ o meru;
ọ phụahaa nwa swịswiswi;
bya abaarụ oke
akparamini mba;
ọ daa nyọnyoronyo.
30 Ẹhu tsọahaa phẹ ụtso g'ọ
daru nyọnyoronyo ono.
O dua phẹ gbiriri jasụ ẹphe
jerwua ọdu ụgbo-mini
ẹka ẹphe eje.
31 G'ẹphe kele Chipfu ekele l'o
yenụkaru phẹ obu;
waa l'oomeru phẹ iphe,

dụ biribiri.
32 G'ẹphe kutsee ya l'ẹka e
dzukọberu edzukọbe;
tua ya ẹpha l'ẹka ndu
bụ ogerenya dọru
achị idzu.
33 Ẹnyimu bẹ ọ mịshiru mini;
ọ bụru echiẹgu.
Ọ bya emee nggele, asọ asọso;
ọ bụru alị, mini tahụru.
34 O meru alị, bụ ọsu;
ọ bụru jakpọro jakpọro
alị únú;
kẹle ndu shi buru l'ẹka
ono menụkaru ẹjo-iphe.
35 Echiẹgu bẹ o meru;
ọ bụru okpuru,
mini jiru ejiji;
bya emee alị,
shi dụ kpọkoro kpọkoro
kpọkoro;
ọ bụru ishi nggele.
36 Ọ bụru ẹka dụ ẹgube ono
bẹ o dutaru ndu ẹgu
agụ je edobe g'ẹphe buru.
Ẹphe je eburu l'ẹka ono
bụru mkpụkpu ẹka phẹ.
37 Ẹphe woru opfu kọo;
bya agbaa opfu-vayịnu
l'ẹka ono.
Ẹphe jeshia ya akpata;
ọ mịchaa mebyi
mịgharu iya ẹka.

38 O keberu phẹ l'ọma;
ẹphe wata aka shii
mebyi akaka;
ọphu o kwedu g'iphe-edobe
phẹ wata alwa alị alị.
39 E mechaa; Chipfu gude
mkpamẹhu; waa iphe-ẹhuka;
yẹe aphụ lọ-zeta phẹ.
Ẹphe wata alwa alị alị.
40 Mbụ onye ono, ewodajẹ
ndu a maru ẹpha phẹ alị;
woru phẹ mee;
ẹphe ghapheahaa l'alị,
dabyiru iphoro, adụdu
gbororo, dụ iya nụ.
41 O bekwanụ lẹ ndu adụdu g'ọ
dụ phẹ bẹ o setarụ l'ẹka
sefụta l'iphe-ẹhuka,
ẹphe eje.
Ọ bya emee; ndibe phẹ wata
azụshi g'atụru.
42 Ndu obu phẹ gụru ìphóró
abụjeru;
ẹphe -hụma iphe ono;
ẹphe eworu ẹswa tee;
obenu lẹ ndu eme iphe,
apfụduru-ọto g'ẹphe
ha abụjeru;
ẹphe -hụma iya;
l'ọ kpọo phẹ ọnu opfu.
43 Gẹ ndu maru iphe wokwaru
iphe-a je asụ-mia l'ime
obu phẹ.

Ẹphe arịa gẹ n-yemobu
Chipfu habe shii!

# 108

*Ebvu-ọma, Dévidi deru*

1 Obu shihukwaru mu ike
Chileke;
k'ọphu bụ lẹ mu e-gude
obu mu g'ọ ha agụ ebvu
etu ngu ẹpha.
Obu mu; tehu nwụru ẹnya.
2 Unu tehu nwụru ẹnya;
unubẹ ogelenda yẹe une;
kẹle mbẹdua e-gudekwa
ebvu kutee gẹregere
nchi-abọhu lẹ mgbẹnya.
3 Mu a-nọdu l'echilabọ
ndiphe kele ngu ekele
gụbe Chipfu.
Mu anọdukwapho l'echilabọ
ọha l'ophu gụa ebvu
gude tua ngu ẹpha.
4 Noo kẹle n-yemobu ngu
parụ ẹka.
Ọ tụkoru imigwe l'ophu
kakọta ephekerephe.
Tẹme ire-lanụ nkengu
dzuru akpaminigwe.
5 Goshinu ndiphe g'ị paberu
ẹka;
mbụ l'ị nọghataru
akpaminigwe anọghata;
gẹ ndiphe l'ophu ahụma

g'ị dụ-be biribiri.
6 Gudenụ ọkpehu ngu dzọo
anyi; zanụ anyi ẹnu;
k'ọphu ee-shi nno dzọo
ndu i yeru obu.
7 Chileke nọwaa l'ụlo iya,
dụ nsọ pfua opfu sụ:
“Mu e-gude agbọ ọgboo
kee alị ndu Shẹkemu.
Tẹme mu eworu nsụda
Sukọtu bushia.
8 Giladu bụ nkemu;
Manásẹ bụkwarupho
nkemu.
Ifuremu bụ okpu,
mu kpu l'ishi.
Jiuda bụkwanuru mgbọro-eze,
mu apajẹ l'ẹka.
9 Mówabu bụ ochi,
mu akwọje ọkpa.
Ọ bụkwanuru lẹ Edọmu bẹ
mu eyeshije akpọkpa
mu dobe.
Ndu Filisitayinu bẹ mu
gbọwaru ọgboo kpua.”
10 ?Bụ onye e-du mu chiriri
werere duba lẹ mkpụkpu ono,
a kpụru kpụshia ike ono?
Mbụ-a; ?bụ onye e-duru mu
duba lẹ Edọmu?
11 Ọ kwa gụbedua Chileke bụ
onye ọbu.
Obenu l'ị gbẹ jịka anyi;

ọphu i tii tsojeẹduru ndu
ojọgu anyi eje ọgu.
12 Yeru anyi ẹka jiko g'anyi
mekpee ndu ọhogu anyi;
kẹle eye ẹka k'ụnwu-eliphe,
bụ iphe-iphoro.
13 Obenu l'anyi -nọduwaa
Chileke l'ẹka bẹ anyi
e-mekpe phẹ gẹ mkparawa.
Ọ bụru iya e-hu ndu ọhogu
anyi agbagba-nchị
l'alị.

# 109

*Ebvu-ọma, Dévidi deru nụ onye-ishi ebvu*

1 Gụbe Chileke, mu etu ẹpha;
ba nọdushinu nggujingguji;
2 kẹle ndu ẹjo-iphe mẹ
ndu ẹregede sawaru ọnu
epfuru mu ẹjo opfu;
bya adzụshi ụka ekpu mu.
3 Ẹphe gudewaa opfu
ndụmashi gbaa mu
mgburugburu.
Ẹphe nọdu abya mu l'iphu;
ẹbe adụ iphe, mu meru phẹ.
4 Mu -gbẹ emekoshi phẹ
k'ọ̀nyà;
ẹphe agbẹ ebo mu ibo;
obenu lẹ mbẹdua
anọdujeepho l'epfu anụ

Chileke epfushi iya ike.
5 Ẹphe egudeje ẹjo-iphe pfụa
mu ụgwo iphe-ọma,
mu meru phẹ.
Obu, mu yeru phẹ bụ
ndụmashi bẹ ẹphe egudeje
sata mu iya.
6 Yenu onye ẹjo nemadzụ g'o je
akwachia ya ụzo.
Zinaa onye a-nọdu ebo iya
ibo g'o je apfụru iya l'iphu
gbaa ya ekebe.
7 E -kpee ya ikpe; g'ikpe
ọbu nmakwa iya.
Gẹ Chileke gụkwaru epfupfu,
oopfu anụ iya ye l'iphe-ẹji,
o meru.
8 G'eswe ndzụ iya gbakwaa
mkpirikpu.
G'onye ọzo nọ-chikwa
ẹnya iya l'eje ozi,
o shi eje.
9 G'ọ tọgbokwa ụnwegirima
ibe iya nwamaa.
L'ọ haa nyee ya l'ụlo-maa.
10 G'ụnwegirima ibe iya
wụshikwaru ghaphee
rwọ arwọo!
G'a chịfukwa phẹ g'ẹphe
te ebukpọnu lẹ mkpọkpo
unuphu ibe phẹ ọbu!
11 Gẹ ndu o ji ụgwo tụkokwa
iphe,

o nweru enweru natachaa.
Gẹ ndu a madụ ẹka ẹphe
shi tụkokwa akanya,
o seru esese gweta.
12 G'ọ tọ dụkwa onye e-mejeru
iya iphe-ọma;
ọphu ọ dụkwa onye a-phụjeru
ụnwegirima ono,
ọ tọgboru nwamaa ono
obu-imemini.
13 G'awa iya chịhukwa.
G'ẹpha phẹ ta adụhekwa l'ọgbo
ọphu abya nụ.
14 Gẹ Chipfu ta adụkwa
teke ọo-zọha ẹjo-iphe,
nna iya oche phẹ mekọtaru;
ọphu o hufukwa iphe-ẹji,
ne iya meru ehufu ophu.
15 G'iphe-ẹji phẹ ono tụkoekwapho
kwaa l'iphu Chipfu;
k'ọphu oo-me g'ẹphe chịhu
l'eliphe;
g'a ta nyatabahẹ phẹ!
16 Kẹle ọ tọ rijeduru kẹ g'o
meeru nemadzụ iphe-ọma.
Ọ bụchianu iphe, ooshibeje
ite iya bụ g'oome dulaa
ndu ụkpa maa;
waa ndu adụdu g'ọ dụ phẹ;
waa ndu obu phẹ tsuru
gworigwori.
17 Eshinu iphe, adụje iya ree
bụ atụ ọnu;

g'ọ bụkwaru onye a
tụru ọnu.
Sụ-a; eshinu agọ ọnu-ọma
adụje iya ẹji;
g'ọnu-ọma nọdukwa iya
ụzenya ụzenya.
18 Eshinu o yeru onwiya atụ
ọnu g'onye yeru uwe;
g'atụ ọnu ono sọdakwa
iya l'ẹpho gẹ mini.
L'o mibachaa ya l'ọkpu
gẹ manụ.
19 G'a phụkwaa ya ya g'onye a
phụru ukpo.
L'e kee ya ya g'onye keru
akpọ l'upfu jasụ l'ojejoje.
20 G'iphe ono, mu gụshiru ono
bụkwaru ụgwo,
Chipfu a-pfụ ndu ono,
anọduje ebo mu ibo ono;
mbụ ndu ono,
anọduje epfuru mu
ẹjo-opfu ono.
21 Obenu gụbe Chipfu,
bụ Nnajịuphu mu;
menaarụ mu ree g'ẹpha
ngu apfụru.
Gudenụ n-yemobu ngu ono,
dụnukaru ree ono nafụta mu;
22 kẹle mu bụ onye ụkpa
bya abụru onye adụdu
g'ọ dụ iya;
tẹme e mewaa mu iphe,

rwuru mu lẹ meji.
23 Mu esewa gẹrere g'onyonyo
ụzenyashi;
tẹme a nmakofuwa mu
g'onye nmakofuru igube.
24 Ikpere mu ta adụedu ọphu
shihuru ike l'ẹka mu
aswị ẹgu;
tẹme mu jọwaa ẹhu
bụru ọkpu.
25 Nta-a bẹ ndu anọduje ebo
mu ibo ekweru mu une.
Ẹphe -hụma mu;
ẹphe egude ekwe l'ishi sụ
mu hẹe.
26 Yenụru mu ẹka jiko Chipfu,
bụ Chileke mu.
Eshinu ị bụ onye n-yemobu;
dzọnaa mu.
27 Menaa ya g'ẹphe shi nno
maru l'o shi ngu l'ẹka;
mbụ g'ẹphe maru l'ọo
gụbe Chipfu meru iya
l'onwongu.
28 Ẹphe a-nọdu ephu mu iphu;
obenu lẹ gụbedua a-nọdu
agọru mu ọnu-ọma.
Ọ -bụru l'ẹphe byaru mu
etso ọgu;
l'e mee phẹ iphe-iphere;
obenu lẹ mụbe onye-ozi
ngu bụepho ẹswa bẹ mu
a-nọdu ete.

29 Ndu anọduje ebo mu ibo bẹ
ee-ye iphere g'onye
yeru uwe.
L'a phụa phẹ iphere g'onye
phụru ukpo.
30 Ọnu mu bẹ mu e-gude
jaa Chipfu ọkpobe ajaja.
Mu anọdu l'edzudzu-ọha
tua ya ẹpha;
31 kẹle ọopfujeru l'ẹkutara
onye adụdu g'ọ dụ iya;
g'ọ dzọta ndzụ iya l'ẹka
ndu ekpe iya mpfugbu.

# 110

*Ebvu-ọma, Dévidi deru*

1 Chipfu sụru Nnajịuphu mu:
“Nọdu mu l'ẹkutara;
jasụ teke mu e-me g'ị zọpyabe
ndu-ọhogu ngu l'ọkpa.”
2 Chipfu a-gbẹ lẹ Zayọnu nụ
ngu mgbọro-eze,
egoshi g'ike ngu
habe shii.
Ọo-sụ ngu: “Bụru onye eze
ndu ọhogu ngu!”
3 Ndu ojọgu ngu bẹ ọo-nọdu
ehe ihee eje ọgu l'eswe
ọgu.
Ọo g'iji nchi-abọhu anọduje
akwa-a bụ g'ụnwokorobya
ngu a-wụ-pfuta ngu l'úbvú,
dụ nsọ ono.

4 Chipfu ribuwaru angụ;
ọphu ọogba-nweẹdu iphe,
o pfuru.
Ọ sụru: “Ịi-bụru onye uke
Chileke jasụ lẹ
tuutuutuu lẹ mịimiimii;
bụ iya bụ gẹ
Melikizedeku bụ.”
5 Nnajịuphu nọ l'ẹkutara
gụbe Chipfu.
Ndu eze bẹ oo-gwe
pyakapyaka mbọku,
ẹhu e-ghu iya eghu.
6 Oo-kpe ọhamoha ikpe;
woru ndu nwụhuru
anwụhu
kụkobe l'ikpo l'ikpo;
bya atụko ndu eze
mgboko l'ophu
gwee arakabya.
7 Ọo lẹ nggele, nọ l'agụga
gbororo bẹ
ọo-ngụta mini.
Ọo ya bụ l'o mee ya
g'ọ ngakerehu.

# 111

1 G'ajaja bụru kẹ Chipfu.
Mu e-gude obu mu g'ọ ha
kele Chipfu ekele.
Mu e-kele iya l'ẹka ndu obu
phẹ gụru ìphóró
nọ l'ìdzù;

kele iya l'ẹka ẹphe
nọ ndzukọ.
2 Iphemiphe, Chipfu eme
parụ ẹka.
Iphe, bụkpoo ndu ọ dụ ree
ejeje arị iya ọriri.
3 Iphe, Chipfu emeje dụ
ùbvù bya adụ akpabiri;
tẹme apfụbekoto iya nọdu
anọje jasụ l'ojejoje.
4 O mewaru g'a nyata iphe,
dụ biribiri,
oomeje.
Chipfu eme eze-iphe-ọma
tẹme ọ nọdu aphụ
obu-imemini.
5 Ndu atsụ iya ebvu bẹ
ọonoduje anụ nri.
Ọgbandzu iya bẹ ọonyataje
jasụ lẹ tuutuutuu lẹ
mịimiimii.
6 Ndibe iya bẹ o goshiwaru ike,
dụ l'ozi, ooje;
kẹle ọ natarụ ndu ọhozo
alị phẹ woru nụ phẹ.
7 Iphe, o gude ẹka iya eme
bụ ire-lanụ bya abụru iphe,
pfụru ọto.
Ekemu, ọ tụru pfụshiru ike.
8 Ekemu ono a-kpọru g'abara
jasụ l'ojejoje;
tẹme e gude obu,
gụru ìphóró;

waa ire-lanụ eme iya.
9 Ndu nkiya bẹ ọ gbafụtaru;
bya atụa ekemu sụ
g'ọgbandzu iya dụkwa
ojejoje.
Ẹpha iya dụ nsọ bya adụ ebvu.
10 Atsụ Chipfu ebvu bụ
egbube ishi mmamiphe.
Iphe, bụkpoo ndu etso ekemu
iya bẹ iphe edoje ẹnya ree.
G'e tua ya ẹpha jasụ l'ojejoje.

# 112

1 G'ajaja bụru kẹ Chipfu.
Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ onye
atsụ Chipfu ebvu;
onye ekemu iya atsọshije
ụtso ike.
2 Ụnwu iya a-bụru ndu ike dụ
l'eliphe.
Oshilọkpa ndu obu phẹ gụru
ìphóró bẹ a-bụru ndu
a gọru ọnu-ọma nụ.
3 Iphe-enweru yẹe ẹku a-tụko
ibe iya sweta;
tẹme apfụbekoto iya je
a-nọdu jasụ l'ojejoje.
4 Mbụkponu l'ẹka agba ọchii
bẹ ìphóró awajẹ
g'ẹnyanwu l'ẹhu onye
obu iya gụru ìphóró;
mbụ onye emeje eze-iphe-ọma;
bya abụru onye obu-imemini;

bya abụkwarupho onye
pfụberekoto l'iphu Chileke.
5 Ọ bụepho k'ọma a-nọdu
etso onye emeje iphe-ọma
bya ejieje ụgwo mịa ya ẹnya;
onye iphemiphe,
oome bẹ oomeje k'ọphu
aa-harụ iya enge.
6 Mbụ lẹ-a; a ta abyakwa
enwubata iya enwubata.
Onye pfụberekoto bẹ
aa-nọduepho anyatajẹ
jasụ l'ojejoje.
7 Ọo-nọdu anụ ẹjo nzì;
ọle nzì ono ta abyadụ eme
gẹ ndzụ gụa ya.
Obu e-shihuje iya ike;
kẹle onye ọ dakoberu
bụ Chipfu.
8 Obu a-kpọ iya abara;
ọphu ndzụ abyadụ agụ iya;
jasụ l'o gude ẹnya iya
hụma l'e mekperu ndu
ọhogu iya.
9 Ọosaje obu iya asasa nụ ndu
adụdu g'ọ dụ phẹ iphe.
Apfụbekoto nkiya a-nọ jasụ
l'ojejoje.
Aa-tuli iya ẹka eli gude
kwabẹ iya ùbvù.
10 Onye ẹjo-iphe -hụma iya;
ẹhu awata iya eghu eghu.
L'o gude ẹhu-eghu taa

kpọokpookpo jasụ l'ọ
jọo ẹhu wụfu.
Iphe, agụ onye ẹjo-iphe ono
ta abyakwa erwu
iya ẹka.

# 113

1 G'ajaja bụru kẹ Chipfu.
Unubẹ ndu ejeru Chipfu ozi;
unu jaa Chipfu ajaja.
2 G'e tua Chipfu ẹpha shita
nta-a jasụ l'ojejoje.
3 Ọ gbaru g'e shi l'ẹka ẹnyanwu
awajẹ jaa Chipfu ajaja jasụ
l'ẹka ọoribaje.
4 Chipfu parụ ẹka;
ọ kakọta ọhamoha shii.
O-gbu-nwịinwii ya
nọ-ngokọta imigwe l'ophu.
5 ?Bụ onye bẹ aatụ eyeru
Chipfu, bụ Chileke anyi;
mbụ onye nọ l'aba-eze
iya l'imigwe?
6 Onye ewozeje onwiya alị
g'ọ hụma iphe,
nọ l'imigwe waa iphe nọ
l'eliphe.
7 Ookulije onye ụkpa
l'urwuku ẹka ọ gwọru.
Ọ nọdu ekulije onye adụdu
g'ọ dụ iya l'ikpọzu ẹka
ọ dabyiru.
8 L'ọ bya eworu phẹ dobe;

yẹe ndu-ishi aharu
ẹnya nhamụnha;
mbụ ndu-ishi ndu alị iya.
9 Nwanyị, ata atsụdu ime bẹ
ọokwabeje ùbvù l'ibe ji iya;
mbụ mee ya l'ọ bụru nwanyị,
ẹhu dụ guu, nwụshiru
ụnwu gẹ gụnu.
G'ajaja bụru kẹ Chipfu.

# 114

1 Teke ndu Ízurẹlu shi lẹ
Ijiputu fụta;
mbụ teke oshilọkpa
Jiékọpu shi l'ẹka ndu
opfu phẹ eswe uswe lẹ
nchị fụta;
2 bẹ Jiuda byaru bya abụru
onye dụru Chileke nsọ.
Ndu Ízurẹlu bya abụru ndu o
nwe enwenwe.
3 Eze Ẹnyimu hụma iya bya
eye ọkpa l'ọso;
tẹme ẹnyimu Jiọ́danu
dakọbe lashịa azụ.
4 Oke úbvú nọdu apfụgba kẹ
shọoshoo g'ebili.
Úbvú nọdu apfụ kẹ
karagidingu karagidingu
gẹ nwatụru.
5 Sụ-a; gụbe Eze Ẹnyimu;
?ị gbaru gụnu?
Gụbe Jiọ́danu;

?bụ ole bụ k'ala azụ?
6 Unubẹ oke úbvú;
?bụ gụnu bẹ unu gude
apfụgba kẹ shọoshoo g'ebili?
Unubẹ úbvú;
?bụhunu ole bẹ unu gude
apfụ kẹ karagidingu
karagidingu gẹ nwatụru?
7 Eliphe l'ophu nmakwaa jiijiijii
l'iphu Nnajịuphu;
mbụ l'iphu Chileke
kẹ Jiékọpu.
8 Onye gbazeru mkpuma;
ọ bụru okpuru;
bya eworu alị,
dụ epfu epfu mee;
ọ bụru ishi nggele.

# 115

1 Ọ tọ bụkwa anyi bẹ
aa-kwabẹ ùbvù jiko
Chipfu;
ọ tọ bụkwa anyi.
Ọ kwa ẹpha ngu kpoloko bẹ
gbaru g'a kwabẹ iya ùbvù.
Noo kẹle i yenụkaru anyi obu;
tẹme ị nọdu apfụshije ike
l'iphe, i pfuru.
2 ?Dẹnu g'o gude ndu ọhozo
nọdu asụje anyi:
“?Dẹnu Chileke unu?”
3 Chileke anyi nọnu l'imigwe.
Ọ bụru iphe, dụ iya ree

bẹ oomeje.
4 Obenu l'agwa phẹ bụ
mkpọla-ododo yẹe
mkpọla-ọchaa; bụ iphe,
nemadzụ gude ẹka mee.
5 Ẹphe nweru ọnu;
ọphu ẹphe epfudu opfu.
Ẹphe nweru ẹnya;
ọphu ẹphe aphụdu
iya ụzo.
6 Ẹphe nweru nchị;
ọphu ẹphe anụdu
iya iphe.
Ẹphe nweru imi;
ọphu ẹphe egudedu iya
akpọ ishishi iphe.
7 Ẹphe nweru ẹka;
ọphu ẹphe egudedu iya
ewota iphe.
Ẹphe nweru ọkpa;
ọphu ẹphe ejedu ije;
tẹme ọphu ẹphe egudedu
ẹkpiri phẹ epfufuta opfu.
8 Ndu agwọ phẹ nụ;
mẹkpoo ndu dakoberu
phẹ nụ a-dụ g'agwa ono dụ.
9 Sụ-a; unubẹ ndibe Ízurẹlu;
unu dakobe Chipfu;
kẹle ọo ya eyejeru unu
ẹka bya abụru iya
egbobutaje unu.
10 Unubẹ ndibe Erọnu;
unu dakobe Chipfu;

kẹle ọo ya eyejeru unu ẹka
bya abụru iya egbobutaje
unu.
11 Unubẹ ndu atsụ Chipfu ebvu;
unu dakobe Chipfu;
kẹle ọo ya eyejeru unu
ẹka bya abụru iya
egbobutaje unu.
12 Chipfu anyatajẹ anyi;
ọo-gọru ọnu-ọma nụ anyi.
Ọo-gọru ọnu-ọma nụ ndibe
Ízurẹlu;
bya agọru ọnu-ọma nụ
ndibe Erọnu.
13 Ọo-gọru ọnu-ọma nụ ndu atsụ
yẹbe Chipfu ebvu;
ndu upfu mẹ ndu nta.
14 Gẹ Chipfu mekwaa g'unu
jaa àjàjà ka l'ọtu;
unubẹdua l'onwunu
mẹkpoo ụnwegirima
ibe unu.
15 Gẹ Chipfu gọkwaru ọnu-ọma
nụ unu;
mbụ onye ono, bụ iya
meru igwe bya emee
eliphe l'ophu ono.
16 Imigwe l'ophu bụkota
kẹ Chipfu;
obenu l'eliphe bẹ o
wowaru nụ ndiphe.
17 Ọ tọ bụkwa ndu nwụhuru
anwụhu ajajẹ Chipfu

ajaja;
mbụ ndu lawarụ alị
ọ-larụ-nọdu-nggujingguji.
18 Ọ kwa anyịbedua a-nọdu etu
Chipfu ẹpha.
Anyi a-nọdu etu iya ẹpha nta-a;
etu iya ya jasụ l'ojejoje.
G'ajaja bụru kẹ Chipfu.

# 116

1 Mu yeru Chipfu obu;
kẹle ọ nụmawaru olu mu.
Ọ nụmaru mkpu, mu chikuru
iya sụ g'o meeru mu
eze-iphe-ọma.
2 Eshinu ọ ngabẹru mu nchị
bẹ mu a-nọdujeepho
araku iya jasụ gẹ mu
a-nọ-beru.
3 Anwụhu shiwaa chie mu
ẹgbirigba l'olu.
Ẹkpa oyi alị-maa nọdu anwụ
mu kẹ kpalaa.
Iphe-ẹhuka;
waa aphụ shiẹpho
nọ-phee mu mgburugburu.
4 Tọbudu iya bụ;
mu bya araku Chipfu
sụ iya:
“Gụbe Chipfu; dzọnaa mu!”
5 Chipfu bụkwa onye emeje
eze-iphe-ọma; bya abụru
onye pfụberekoto;

mbụ lẹ Chileke anyi bụkwa
onye aphụje obu-imemini.
6 Ndu amazidu iphe bẹ bụkwa
Chipfu anọduje eleta
phẹ ẹnya.
Teke mu shi nọdu l'oke mkpa
bụ iya dzọru mu.
7 Obu mu; jiko kabẹkwa
dzutabaa ike ọzo;
kẹle Chipfu nwụbenukaru
ngu ẹnya.
8 Ọo gụbe Chipfu nafụtaru ndzụ
mu gẹ mu ta anwụhu.
Tẹme ọ bụru ngu hucharụ
mu ẹnya-mini;
bya egbobuta mu gẹ mu te
vukota iphe daa iko;
9 k'ọphu mu a-nọdu ejephe
g'ọ dụ mu l'iphu Chipfu
l'alị ndu dzụ ndzụ.
10 Mu woru onwomu ye
Chileke l'ẹka.
Ono mee mu; mu sụ:
“Iphe-ẹhuka kpaakwaru
mu ẹhu shii.”
11 Tẹme mu pfubulihukwaphọ
sụ:
“Ndiphe l'ophu bụkotakwa
ndu ntuphu-ire.”
12 ?Dẹnukpoo gẹ mu e-shi pfụa
Chipfu ụgwo iphe-ọma,
o mekọtaru mu g'ọ ha?
13 Mu a-pali okoro goshiru l'i bụ

ọ-dzọ-nwa gude
kutse Chipfu.
14 Iphe, mu rifuru angụ
emeru Chipfu bẹ mu
e-meru iya l'iphu ndu
bụ nkiya.
15 Anwụhu ndu dụru Chipfu
nsọ; bẹ ọ gụberu iphe.
16 Gụbe Chipfu; mu bụkwa
onye-ozi ngu ọkpobe abụbu.
Mu bụkwa onye-ozi ngu;
bya abụru nwa, nwanyị ono,
ejeru ngu ozi ono nwụru.
I mewaru gẹ mu nweru
onwomu lẹ mkpọro ono,
e shi tụa mu ono.
17 Mu e-gwerụ ngu
ngwẹja-ekele;
tẹme mu abyakwaphọ
araku ẹpha gụbe Chipfu.
18 Iphe, mu rifuru angụ
emeru Chipfu bẹ mu
e-mekọtaru iya l'iphu iphe,
bụ ndu nkiya.
19 Ọ bụru ẹka mu a-nọdu
mee ya bụ l'ọkpoku
eze-ụlo Chipfu l'echilabọ
unubẹ ndu Jierúsalẹmu.
G'ajaja bụru kẹ Chipfu.

# 117

1 Unu jaa Chipfu ajaja unubẹ
ọhamoha.

Unu tua ya ẹpha unubẹ
ndiphe l'ophu;
2 kẹle o yeru anyi obu
yegharụ iya ẹka;
tẹme Chipfu nọdu
apfụshije ike l'iphe,
o pfuru jasụ lẹ tuutuutuu
lẹ mịimiimii.
G'ajaja bụru kẹ Chipfu.

# 118

1 Unu kele Chipfu ekele l'ọ
bụ onye ọma;
kẹle n-yemobu iya anọje
jasụ l'ojejoje.
2 Gẹ ndu Ízurẹlu tụko sụ:
“N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.”
3 Gẹ ndibe Erọnu tụkokwapho
sụ:
“N-yemobu iya anọje
jasụ l'ojejoje.”
4 Gẹ ndu atsụ Chipfu ebvu
sụkwapho:
“N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.”
5 Teke mu eje iphe-ẹhuka bẹ mu
rakuru Chipfu.
Ọ zaa mu ẹnu bya emee mu;
mu nweru onwomu.
6 Chipfu nọ-kubewa mu;
ọphu ndzụ agụdu mu.
?Bụkwanu gụnu bẹ nemadzụ

mmanụ sụru mu emebata?
7 Chipfu nọ-kube mu;
ọo yẹbedua bụ onye
n-yemẹka mu.
Mu e-mechaa gude ẹnya mu
hụma l'e mekperu ndu
mu dụ ashị.
8 Anọdu l'ime Chipfu ezeru
ndzụ kakwa ree eme
l'adakobe nemadzụ.
9 Anọdu l'ime Chipfu ezeru
ndzụ kakwa ree eme
l'adakobe ndu-ishi.
10 Iphe, bụ ọhamoha kepheru
mu mgburugburu etso
mu ọgu;
ọle mu gude ẹpha Chipfu
lwụ-kpekọta phẹ
g'ẹphe ha.
11 Ẹphe nọ mu ibe k'ẹbo ẹbo;
ọle mu gude ẹpha Chipfu
lwụ-kpekọta phẹ
g'ẹphe ha.
12 Ẹphe ripyabẹru mu g'ẹnwu;
ọle ẹphe meẹkwarupho
kpuru-kpuru-kpuru
l'alị nwụshihukota
g'ekperema ọkponku,
ọku tsupyashịru.
Ọ bụru ẹpha Chipfu bẹ mu
gude lwụ-kpekọta phẹ
g'ẹphe ha.
13 E nwuru mu daphuu nwuphu

azụ; mu bya ada iko;
obenu lẹ Chipfu yeru mu ẹka.
14 Ọo Chipfu bụ ike mu;
bya abụru onye mu
agụ-ku l'ebvu.
Ọo ya bụ onye adzọje mu nụ.
15 Olu ẹhu-ụtso yẹe agbọ ọgboo
bẹ ada wọowoowoo
l'ẹka ndu pfụberekoto
nọ.
Ẹphe tụko epfu sụ: “Chipfu
gudeakwa ẹkutara iya
mee iphe parụ ẹka.
16 Ọ kwa ẹkutara Chipfu bẹ ọ
paliru imeli.
O gude ẹkutara iya ono mee
iphe, parụ ẹka.”
17 Mu ta anwụhudu;
mu a-dzụru ndzụ pfukashịa
iphe,
Chipfu meru mu g'a
nụma-dzuru.
18 Chipfu hụ̀waru mu ahụ̀hù
hụshia mu ike;
ọle o to kwedu g'ọnwu
gbua mu.
19 Kpọhanaaru mu ọguzo
apfụbekoto;
gẹ mu shi iya bahụ je etua
Chipfu ẹpha.
20 Ọwa-a bụ ọguzo kẹ Chipfu.
Ọ bụ ẹka ndu pfụberekoto
eshije abahụ.

21 Mu e-kele ngu ekele l'ị
zarụ mu ẹnu.
Nta-a bẹ ị bụwaa onye adzọje
mu nụ.
22 Mkpuma, ndu akpụ
ụlo jịkaru; mechaarụ
bya abụru mkpuma,
gude ụlo.
23 Ono bụru iphe, Chipfu meru.
Ọ dụ anyi biribiri l'ẹnya.
24 Ntanụ-a bụ mbọku,
Chipfu meru.
G'ẹhu tsọo anyi ụtso;
anyi etekwaphọ ẹswa
ntanụ ono!
25 Jiko Chipfu; dzọtanu anyi!
Mekwaa g'iphemiphe,
anyi eme bụkotaru anyi
ụpete; gụbe Chipfu!
26 Ọnu-ọma bẹ a gọru nụ onye
ono,
bụ Chipfu ziru iya g'ọ
bya ono.
Anyi gbẹ l'ụlo Chipfu agọru
ngu ọnu-ọma.
27 Ọ kwa Chipfu bụ Chileke.
O meakwaru g'ìphóró,
shi iya l'ẹka nwuaru anyi.
Unu tụa anụ, unu gude abya
egweru Chipfu ngwẹja eri;
kpụta bya lẹ mgboru mpu,
a nmabẹru
l'ọru-ngwẹja iya.
28 Ọo ngu bụ Chileke mu;

ọ bụru ngu bẹ mu
a-nọdu ekele ekele.
Ọo ngu bụ Chileke mu;
ọo ya bụ l'ọo ngu bẹ
mu a-nọdu ekutse.
29 Jiko unu kele Chipfu ekele
l'ọ bụ onye ọma.
Tẹme n-yemobu iya nọdu
anọje jasụ l'ojejoje.

# 119

1 Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ ndu te
emejedu iphe, aa-ta
phẹ ụta;
ndu etsoẹpho ekemu,
Chipfu tụru.
2 Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ ndu etso
iphe, ọ tụru l'ekemu;
bya egude obu phẹ g'ọ ha
achọ iya achọshi
iya ike.
3 Ndu adụkpodaa iphe,
apfụduru-ọto,
ẹphe emeje;
bụepho ụzo, ọ tọru bẹ
ẹphe eshije.
4 Ị kawaru anyi iphe,
ị sụru g'e meje
merwua l'ishi.
5 Ọ dụ mu g'a sụ l'umere
mu ngụru angụru;
gẹ mu tsoje iphe ono,
ị tọru ọkpa iya ono;

6 k'ọphu ọ tọ dụdu iphe,
iphere iya bya eme mu;
noo kele mu dabẹru
ẹnya l'iphemiphe,
ị sụru g'e meje.
7 Mu e-gude obu, gụru ìphóró
jaa ngu ajaja;
eshi ọphu mu anwụ ikpe
ngu ono, pfụru ọto
ono.
8 Mu e-tso iphe, ị tọru ọkpa iya
sụ g'e tsoje.
Jiko ba jịkakwa mu
phuruphuru
gberegedege.
9 ?Dẹnukpoo gẹ nwokorọbya
e-me dobe ụzo iya g'ọ
dụebe ree?
G'oo-me iya bụ g'o meje iphe,
e deru l'opfu ngu.
10 Mu gude obu mu g'ọ ha achọ
ngu.
B'ekwekwa gẹ mu phua ụzo
l'etso iphe, ị sụru g'e
meje.
11 Opfu ngu bẹ mu domiwaru
l'ime obu mu.
Ọo ya bụ g'ọ tọ dụkwanu
teke mu e-me ngu
iphe-ẹji.
12 G'ajaja bụru nkengu gụbe
Chipfu.
Jiko zinaa mu gẹ mu e-me

tsoje iphe, ị tọru ọkpa
iya sụ g'e tsoje.
13 Ọo ogbogboromọnu mu-a
bẹ mu gudewaa gụshikota
iphe, bụkotakpoo ikpe,
i kperu l'ọnu ngu.
14 Ẹhu anọduje atsọ mu ụtso mẹ
mu nọdu eme iphe,
ị tụru l'ekemu;
ẹgube ono, ẹhu atsọje onye
kparụ ẹku kpashịa ya
ike ono.
15 Mu anọduje nggujingguji arị
iphe, ị karụ g'e meje arịri.
Mu adabẹkwapho ẹnya l'ụzo,
ị tọru g'e shije.
16 Iphe, ị tọru ọkpa sụ g'e tsoje
adụje mu ree ememe;
ọphu mu abyadụ
agbakụtaru opfu ngu
ono azụ.
17 Menaarụ mụbe onye-ozi ngu
iphe, dụ ree;
k'ọphu mu e-shi nno nọdu
ndzụ meje opfu ngu.
18 Menaa gẹ mu saa ẹnya;
hụma iphe, dụ biribiri,
dụgbaa l'ekemu ngu.
19 Mu bụkwa onye lwarụ
alwalwa l'eliphe-a.
Jiko ba adụkwa iphemiphe,
ị sụru g'e meje ọphu
ii-domiru mu edomi.

20 Obu awahụwa mu awahụ;
ẹka mu achọ ikpe ngu
achọshi iya ike
tekenteke.
21 Ndu etu onwophẹ ẹpha;
bya abụru ndu a tụru
ọnu bẹ ịibajeru mba;
mbụ ndu ono, ahajẹ iphe,
ị sụru g'e meje eme iphe
ọzo ono.
22 Menaa g'e te kweru mu
une; ọphu a nma mu
phulaphula;
kẹle iphe, ị tụru l'ekemu bẹ
mu emekọtaepho.
23 A makwarụ-a lẹ ndu-ishi
anọkobeje achịru mu
ẹjo idzu; obenu l'iphe,
mụbe onye-ozi ngu
anọduje arị bụ gẹ mu
e-me tsoje iphe,
ị tọru ọkpa iya sụ g'e tsoje.
24 Ọo eme iphe, ị tụru
l'ekemu bụ iphe,
adụje mu ree.
Ọ bụru iya anọduje akpọ-ziru
mu ụzo iphe, mu e-me.
25 E wozekpọeru mu phọ woru
mu dẹe adẹe l'urwuku.
Mephunu ndzụ mu azụ g'ọ
bụru k'ọ̀phúú, bụ iya bụ iphe
ono, opfu nkengu pfuru ono.
26 Mu doru ngu g'ụzo mu gbaru;

ị ngabẹru mu nchị.
Zinaa mu iphe, ị tọru ọkpa
iya sụ g'e tsoje.
27 Menaa g'iphe, ị karụ
g'e meje doo mu ẹnya.
Ọo ya bụ gẹ mu atọ
nwẹhu rịa k'iphe, dụ biribiri,
iimeshi.
28 Mu gụwaru aphụ jasụ ike
bvụebe mu ree.
Jiko menaa g'ike dụ mu,
bụ iya bụ iphe,
opfu ngu pfuru.
29 Phufu mu gẹ mu ta anọdu
l'ụzo ẹregede.
Menaarụ mu eze-iphe-ọma;
zia mu ekemu ngu.
30 Mu hatawaru eme ire-lanụ.
Ọ bụru ikpe ngu g'ọ ha bẹ
mu wowaru dobe onwomu
l'ụzo iphu.
31 Iphe, mu gudeshi ike ememe
bụ iphe,
gụbe Chipfu tụru l'ekemu.
B'ekwekwa g'e mee mu
iphe-iphere.
32 Ụzo, mu anọduje agba etso
bụ eme iphe, ị sụru g'e meje;
kẹle i mewaru g'ẹhu-ụtso ji
mu obu ejiji.
33 Jiko Chipfu; zinaa mu gẹ
mu e-shije etso iphe,
ị tọru ọkpa iya sụ g'e tsoje.

Ọo ya bụ gẹ mu emekwanaa
ya jasụ l'ikpazụ iya.
34 Menaa g'iphe doje mu ẹnya;
k'ọphu mu a-dụje ike dobe
ekemu ngu ono;
bya egude obu mu g'ọ ha
emekọtaje iya ememe.
35 Goshi mu ụzo, mu e-shije
eme iphe, ị sụru g'e meje;
kẹle ọ bụe ya phọ bụ iphe,
atsọje mu ụtso ememe.
36 Gọ-zinaa obu mu g'ọ gha
iphu l'eme iphe, ị tụru
l'ekemu.
G'ọ tọ gha iphu l'eri ndu ọzo
urwu.
37 Menaa gẹ mu te eworu ẹnya
dabẹ l'iphe-mmanụ.
Mephunu ndzụ mu azụ g'ọ
bụru k'ọ̀phúú, bụ iya bụ iphe,
opfu ngu pfuru.
38 Menaarụ mu iphe,
i kweru ukwe l'ii-meru mụbe
onye-ozi ngu;
k'ọphu aa-wata ngu atsụ ebvu.
39 Wofunuru mu iphe-iphere ono,
mu atsụ ebvu ono;
kẹle ekemu ngu dụ ree.
40 Iphe, ị karụ g'e meje
agụshikpoo mu
ike ememe.
Jiko gudenụ kẹle ị bụ onye
pfụberekoto dobe

mu ndzụ.
41 Goshinu mu n-yemobu ngu
ono jiko Chipfu.
Dzọtanu mu; noo kẹle ọo iphe,
i kweru ukwe l'ii-meru mu.
42 Ọo ya bụ gẹ mu amaru iphe,
mu a-sarụ yeru ndu ekweru mu une;
kẹle mu kpọru obu ye l'opfu ngu.
43 Ta anafụkwa mu ire-lanụ,
dụ mu l'ọnu;
kẹle mu chịru ụpfu kwẹe l'ikpe, i kperu.
44 Ọo iphe, ekemu ngu pfuru bẹ mu e-meje
jasụ lẹ tuutuutuu lẹ mịimiimii.
45 Mu e-nwekpọru onwomu tsoru aghaphe;
kẹle mu tụkochawaru iphe,
ị karụ g'e meje maẹberu.
46 Mu a-pfụru l'iphu ndu eze pfua k'iphe, ị tụru l'ekemu.
Ọphu iphere abyadụ adụ mu.
47 Iphe, adụje mu ree bụ
eme iphe, ị sụru g'e meje;
noo kẹle mu yeru iya obu.
48 Mu amachịje ẹka mu labọ gẹ
mu nata iphe, ị sụru g'e meje,
bụ iya bụ iphe ono,
mu yeru obu ono;
tẹme mu nọdu anọduje

nggujingguji arị k'iphe ono,
ị tọru ọkpa iya sụ g'e tsoje
ono.
49 Nyatakwa opfu, i pfuru yeru
mụbe onye-ozi ngu;
noo kẹle i mewaru;
mu leahaa ẹnya iphe.
50 Iphe, adụje mu obu mẹ mu
nọdu eje iphe-ẹhuka bụ lẹ-a:
L'ukwe-iphe, i kweru mu
emeje gẹ ndzụ mu bụru
k'ọ̀phúú.
51 Ndu eku onwophẹ bẹ achịje
mu ọchi kpọkirihuchaa
akpọkirihu;
ọle o too mejedu mu gẹ mu
haa eme iphe,
ekemu ngu pfuru.
52 Gụbe Chipfu; ọobujeru;
mu -nyata ikpe ngu ono,
shirọ teke ndiche ono
l'ọ dụa mu obu.
53 Ẹhu-eghu azụje mu pfụurii;
ọ bụru ndu ẹjo-iphe
akpajẹ iya;
mbụ ndu ono,
jịkaru edobe ekemu
ngu ono.
54 Iphe, ị tọru ọkpa iya sụ g'e
tsoje abụjeru ishi ébvú mu
l'iphe, bụkpoo ụlo,
mu zẹkporu l'ụzo ije mu-a.
55 L'ẹnyashi bẹ mu anyatajẹ

ẹpha gụbe Chipfu;
l'o mee mu gẹ mu dobe
ekemu ngu.
56 Iphe, mu aghajẹ iphu ememe
teke bụkpoo teke mu nọ
bụ eme iphe,
ị karụ g'e meje.
57 Ọo ngu bụ okiphe nkemu
gụbe Chipfu.
Mu kwewaru ngu ukwe lẹ
mu a-nọdu eme opfu ngu.
58 Mu gudewaa obu mu g'ọ ha
ele ngu ẹnya l'ẹka.
Menaarụ mu eze-iphe-ọma,
bụ iphe,
i kweru mu ukwe iya.
59 Mu lewaru ụzo mu ẹnya
uswe lee ya ogologo;
bya eshiwaa iya fụta bya
awata eme iphe,
ị tụru l'ekemu.
60 Mu e-me ẹgwegwa;
mu ta akpọdu ụpfu
eme iphe, ị sụru g'e meje.
61 O -betachakpọ ndu
ẹjo-iphe kee mu ẹgbu;
mu ta abyadụ azọha
ekemu ngu.
62 Ọobujeru; a -nọnyaa l'echi
abalị;
mu agbalihu kele ngu
ekele k'ikpe ngu ono,
pfụru ọto ono.

63 Iphe, bụkpoo ndu atsụ ngu
ebvu bẹ mu l'ẹphe
eshikọta ọ̀nyà;
mbụ ndu ono, tụkoru iphe,
ị karụ g'e meje g'ọ ha
emekọta ono.
64 Eliphe l'ophu bẹ n-yemobu
gụbe Chipfu jiru kẹ
pyịmu pyịmu.
Jiko zinaa mu iphe ono,
ị tọru ọkpa iya sụ g'e
tsoje ono.
65 Jiko Chipfu; menaarụ mụbe
onye-ozi ngu iphe-ọma;
eshinu ọ bụ iphe,
i kweru ukwe iya.
66 Zinaa mu mmamiphe;
yẹe ekpe ikpe,
dụ nhamụnha;
kẹle mu kwekwaru eme
iphe, i sụru g'e meje.
67 A byaru awata mu anụ
chịipfuu;
mu shiswehawarọ ụzo;
obenu lẹ nta-a bẹ mu
kwewaru eme opfu
ngu.
68 Ị bụ onye ọma; tẹme ị nọdu
emejekwaphọ iphe,
dụ ree.
Zinaa mu etso iphe,
ị tọru ọkpa iya sụ g'e tsoje.
69 A makwarụ-a lẹ ndu eku

onwophẹ anọduje
adzụshi ụka ekpu mu;
obenu lẹ mu gudeẹpho obu
mu g'ọ ha emekọta
iphe, ị karụ g'e meje.
70 Ndu ono bẹ imemini
nemadzụ ta adụjedu.
Obenu lẹ mbẹdua bụ eme
iphe, ekemu ngu
pfuru adụje mu ree.
71 Chịipfuu ono, a nụru mu ono
dụkwa-a ree;
k'ọphu mu a-nwụta etso iphe,
ị tọru ọkpa iya.
72 Ekemu, shi ngu l'ọnu bẹ mu
kakwa agụbe iphe eme
l'ụnubuku mkpọla-ododo
waa mkpọla-ọchaa.
73 Ọo ẹka ngu bẹ i gude kpụa
mu; bya emee mu;
mu ngụru angụru.
Jiko menaa gẹ mu maru iphe
k'ọphu mu a-nwụ eme
iphe, ị sụru g'e meje.
74 Gẹ ndu atsụ ngu ebvu
tekwaa ẹswa m'ẹphe
hụma mu;
noo kẹle iphe,
mu daru ngabẹru bụ
opfu nkengu.
75 Gụbe Chipfu; mu makwarụ-a
l'ikpe ngu pfụru ọto;
tẹme l'ị pfụ-shiru ike l'iphe,

i pfuru nụa mu chịipfuu.
76 Gẹ n-yemobu ngu bụnuru
iphe, a-nọduje adụ mụbe
onye-ozi ngu obu;
eshi ọphu ọ bụ iphe,
i kweru mu ukwe iya.
77 Phụnaaru mu obu-imemini
k'ọphu mu a-nọdu ndzụ;
kẹle iphe,
adụje mu ree bụ ekemu
nkengu.
78 G'e menuru iphere kpube
ndu eku onwophẹ;
kẹle ẹphe mesweru mu;
l'ẹbe ọ dụ iphe,
mu meru phẹ.
Obenu lẹ mbẹdua
anọdujeepho arị iphe,
ị karụ g'e meje l'ọriri.
79 Gẹ ndu atsụ ngu ebvu
byapfutajẹkwa mu;
mbụ ndu iphe,
ị tụru l'ekemu doru ẹnya.
80 Gẹ mu tụkokwa iphe,
ị tọru ọkpa iya sụ g'e
tsoje tsokọta; g'ọ tọ dụkwa
ẹka ụta a-dụ mu l'ẹhu;
ọphu e shi nno mee
mu iphe-iphere.
81 Meji atọfuakwa mu atọfu ẹka
ọogu mu g'a dzọta mu;
obenu l'ẹka obu mu dụ
bụ l'opfu ngu.

82 Ẹnya anyịwa mu ẹrwa;
ẹka mu ele ẹnya teke
ii-me iphe,
i kweru ukwe iya.
Mu asụje: “?Bụkpohunaa teke
ole bẹ ịi-dụ mu obu?”
83 A makwarụ-a lẹ mu dụ g'akpọ,
a mịberu l'ẹnwuru-ọku;
mbụ akpọ, eeyeje mẹe.
Obenu lẹ mu ta azọhajedu iphe,
ị tọru ọkpa iya sụ g'e tsoje.
84 ?Bụ teke ole bẹ mụbe
onye-ozi ngu a-taberu
nshi?
Kọoru mu teke ii-bebe hụa
ndu akpa mu ẹhu ahụ̀hù.
85 Ndu eku onwophẹ ebvujeru
mu nsụ gẹ mu daba.
Ono bụru iphe, ị tụru ekemu
sụ g'e te emejeshi.
86 Iphemiphe, ị sụru g'e meje bẹ
pfụkotaru nhamụnha.
Yenụru mu ẹka;
kẹle ndiphe akpa mu ẹhu
l'ẹbe adụ iphe,
mu meru phẹ.
87 Ọ bụfua nwanshịi;
m'ẹphe ehufu mu gẹ mu
ta nọduhe l'eliphe-a;
obenu lẹ mu ta
agwọbeduru eme iphe,
ị karụ g'e meje.
88 Eshinu i yeru mu obu;

kwachinaa ndzụ mu g'ọ tọ
dụ iphe, e-me iya nụ;
k'ọphu mu e-meje iphe,
i gude ọnu ngu tụa l'ekemu
sụ g'e meje.
89 Opfu gụbe Chipfu a-nọ jasụ
l'ojejoje.
O keru kẹ jịngujingu
l'akpaminigwe.
90 Ịipfushije ike l'iphe, i pfuru;
e -shi l'ọgbo sweru ọgbo.
I meru eliphe dobe;
ọ kpọru g'abara.
91 Ikpe, i kperu g'ọ hakpọo
kpọerupho g'abara
byasụ ntanụ-a;
kẹle iphemiphe ejeru
ngu ozi.
92 Ọ tọ bụ l'ekemu ngu shiẹpho
eshinu bụru iphe,
adụje mu ree;
mẹ mu alakwa l'iyi lẹ teke
ono,
mu shi eje iphe-ẹhuka ono.
93 Mbụ lẹ mu ta abyadụ azọha
eme iphe, ị karụ g'e meje;
kẹle ọo ya bẹ i gude
mephu ndzụ mu azụ;
ọ bụru k'ọ̀phúú.
94 Dzọnaa mu; kẹle mu bụ nkengu;
tẹme mu bya atụkowa iphe,
ị karụ g'e meje g'ọ ha
maẹberu.

95 Ndu ẹjo-iphe kwageberu
akwagebe g'ẹphe
mebyishia mu;
ọle mu a-tụkoepho iphe,
ị tụru l'ekemu kwakọbe l'ime
obu mu arị iya ọriri.
96 Iphe, a sụru l'ọ dụebe ree
bẹ mu ahụmajeepho l'ọ
dụru ẹka ọ phọduru;
obenu l'iphe,
ị sụru g'e meje dụebe ree.
97 Ekemu ngu bẹ mu yekwarụ
obu yegharụ iya ẹka.
Ọo ya bẹ mu anọduje arị l'ọriri
l'ime obu mu
mkpụrumkpuru.
98 Eme iphe, ị sụru g'e meje
mewaru;
mu ka ndu ọhogu mu amaru
iphe;
kẹle ọonoduje swiru mu
mkpụrumkpuru.
99 Ẹnya kakwa mu erwu alị
e -me lẹ ndu ezi mu iphe;
kẹle mu anọduje arị k'iphe,
ị tụru l'ekemu l'ọriri.
100 Mu ka ndu bụ ọgerenya
amaru iphe;
kẹle mu emeje iphe,
ị karụ g'e meje.
101 Ọkpa mu labọ bẹ mu
meẹrupho ọphu
ooshiswetajẹdu ụzo,

bụ ẹjo ụzo;
k'ọphu mu e-meje opfu ngu.
102 Mu ta ahajẹkwaru ikpe,
i kperu;
kẹle ọo gụbedua l'onwongu
ziru mu iphe.
103 Ẹgube g'iphe, i pfuru
atsọ-bekwanụ mu ụtso!
Ọ kakwa mu ụtso;
e -me lẹ manụ-ẹnwu.
104 Urwu, mu eritajẹ l'eme iphe,
ị karụ g'e meje bẹ
bụ nkwamẹnya.
Ọ bụru iya meru g'o gude
iphe, bụkpoo ụzo ụghoshi
dụkota mu ashị.
105 Opfu ngu bụ orọku,
mu egudeje hụma ẹka mu
a-zọbe ọkpa;
bya abụru ìphóró,
dụ l'ụzo mu eshi.
106 Mu gudewaa obu mu pfua
ya hoo haa;
bya eriru angụ ye iya;
lẹ mu a-nọduepho eme iphe,
ikpe ngu ono,
pfụru ọto ono pfuru.
107 Mu jenụkawaru iphe-ẹhuka.
Gụbe Chipfu;
mephunu ndzụ mu azụ
g'ọ bụru k'ọphúú,
bụ iya bụ iphe,
opfu ngu pfuru.

108 Jiko Chipfu; natanụ ajaja
ọwa-a, mu gude obu mu
aja ngu-a.
Zikwaa mu phọ g'ikpe
ngu gbaru.
109 A makwarụ-a lẹ mu achịjeru
ndzụ mu l'ẹka tekenteke;
obenu lẹ mu ta abyakwa
azọha ekemu ngu.
110 Ndu ẹjo-iphe gbabẹwaru
mu ọ́nyà;
ọle o too medu mu gẹ mu
haa eme iphe, ị karụ g'e meje.
111 Iphe, ị tụru l'ekemu bụ
okiphe mu jasụ lẹ
tuutuutuu lẹ mịimiimii.
Ọ bụru iya emeje g'ẹhu
tsọ mu ụtso l'ime obu mu.
112 Ẹka mu phoberu bụ l'etso
iphe, ị tọru ọkpa iya sụ
g'e tsoje
jasụkpoepho gẹ mu
a-nọ-beru.
113 Ndu anọduje abọ obu ẹbo
bẹ dụ mu ashị;
obenu l'ekemu nkengu bẹ
mu yekwanụru obu.
114 Ọo ngu bụ ẹka mu edomije
onwomu;
bya abụru onye mu nọ
l'ẹka iya ezeru ndzụ.
Ẹka mu chịru ụpfu yee
bụ l'opfu ngu.

115 Unu pakwarụ mu haa;
unubẹ ndu eme ẹjo-iphe;
k'ọphu mu a-nọdu emeje
iphe,
Chileke mu sụru g'e meje.
116 Bụnuru agbarike mu;
l'ọ bụ iphe, i kweru ukwe iya;
gẹ mu anọdu ndzụ.
B'ekwekwa g'iphe ono,
mu ele ẹnya iya ono mebyia
mu iphu.
117 Gudeshinaa mu ike;
k'ọphu aa-dzọta mu.
Mu a-nọdujeepho akwabẹ iphe,
ị tọru ọkpa sụ g'e tsoje
ono ùbvù.
118 Ndu harụ etso ọkpa iphe,
ị tọru tsoahaa iphe ọzo bẹ
ịijikaje ajịka ophu;
kẹle ẹregede,
ẹphe agba bụ kẹ mmanụ.
119 Iphe, bụkpoo ndu ẹjo-iphe,
nọ l'eliphe bẹ iikpoje
g'e kporu ntụ.
Noo g'o gude mu yee obu l'eme
iphe, ị tụru l'ekemu.
120 Ogwẹhu mu aphụkota jiijiijii
ẹka mu atsụ ngu ebvu;
bya atsụkwapho ikpe
ngu ebvu.
121 Mu mewaru iphe,
pfụru ọto bya abụru iphe,
dụ nhamụnha.

Jiko ba pakwarụ mu haarụ
ndu eme mu ewere.
122 Jiko kwenaa onye-ozi
ngu ukwe l'ịi-nọdu-a
eleta iya ẹnya.
Te ekwekwa gẹ ndu eku
onwophẹ mee mu ewere.
123 Ẹnya anyịwa mu ẹrwa ẹka
mu ele ẹnya g'ị bya
adzọta mu;
bụ iya bụ iphe,
gụbe onye pfụberekoto
kweru mu ukwe iya.
124 Menaarụ mụbe
onye-ozi ngu iphe, dụ ree;
eshinu i yeru mu obu.
Zinaa mu iphe,
ị tọru ọkpa iya sụ
g'e tsoje.
125 Mbẹdua bụ onye-ozi ngu;
jiko menaa g'iphe doje
mu ẹnya;
k'ọphu iphe,
ị tụru l'ekemu e-do
mu ẹnya.
126 Gụbe Chipfu;
mekwaa ire nta-a;
kẹle ekemu,
ị tụru bẹ e tee tsohẹdu.
127 Ọo l'ọle mu yeru iphe,
ị sụru g'e meje obu;
yeghata iya gẹ mu
yeru ọkpobe mkpọla-ododo;

128 tẹme mu kweta l'iphe,
ị karụ g'e meje bẹ
pfụchaaru ọto;
meru g'o gude ụzo
ụghoshi dụkota mu ashị.
129 Iphe, ị tụru l'ekemu
dụ biribiri.
Noo g'o gude mu nọdu
etso iya l'o rwuberu iya.
130 Ẹka opfu ngu bataru
bẹ ìphóró etsojeru iya;
tẹme ọ nọdu emeje
gẹ ndu amazidu iphe
maru iphe.
131 Mu sarụ ọnu wata atụ
hehehe;
ẹka ẹgu eme iphe,
ị sụru g'e meje agụ mu.
132 Ghanaaru mu iphu;
jiko meeru mu eze-iphe-ọma;
g'iimejeru iphe,
bụkpoo ndu yeru ẹpha
ngu obu.
133 Menaa gẹ mu hajẹ ọkpa
g'ị sụru g'a hajẹ iya.
Te kwekwa g'iphe-ẹji,
kapyabẹ mu ẹnya.
134 Gbafụta mu l'ẹka ndu eme
mu ewere;
k'ọphu mu a-nọdu emeje
iphe, ị karụ g'e meje.
135 Menaa g'iphu ngu gbua
nwịinwii l'ẹhu mụbe

onye-ozi ngu.
Zinaa mu iphe, ị tọru ọkpa
iya sụ g'e tsoje.
136 Ẹnya-mini asọ mu
gborogboro l'ẹnya;
kẹle e tee etsodu
ekemu ngu.
137 Ị bụ onye pfụberekoto gụbe
Chipfu;
tẹme ikpe ngu pfụru nhamụnha.
138 Iphe, ị tụshiru l'ekemu dobe
pfụkotaru nhamụnha;
tẹme ẹphe bụkotaru
ire-lanụ.
139 Obu, mu yeru ngu rimiwaru
mu ishi;
kẹle ndu ọhogu mu ta
agụbeduru opfu ngu iphe.
140 Iphe, i kweshiru ukwe
ememe bẹ a tọwaru
nwẹhu dalekọta adale.
Mụbe onye-ozi ngu bya eyee
phẹ obu ntụmatu.
141 A maru-a lẹ mu bụ
iphe-mmanụ;
tẹme ọphu ọ dụdu iphe,
a gụberu mu;
obenu lẹ mu ta zọhaduru
eme iphe, ị karụ g'e meje.
142 Apfụbekoto nkengu
a-dụwaro jeye l'ojejoje;
tẹme ekemu ngu bụru
ire-lanụ.

143 Ẹjo iphe-ẹhuka;
waa aphụ sọ-kputeru mu;
obenu lẹ mu yelẹru-a iphe,
ị sụru g'e meje obu.
144 Iphe, ị tụru l'ekemu dobe
dụ nhamụnha jasụ
lẹ tuutuutuu lẹ mịimiimii.
Menaa gẹ mu nweru
egomunggo k'ọphu mu
a-nọdu ndzụ.
145 Mu gude obu mu g'ọ ha
kua ngu oku;
zanụ mu ẹnu jiko Chipfu;
k'ọphu mu a-nọdu etso iphe,
ị tọru ọkpa iya sụ g'e tsoje.
146 Ọo ngu bẹ mu kuru oku;
dzọnaa mu;
k'ọphu mu a-nọdu eme iphe,
ị tụru l'ekemu.
147 Mu gbẹshiru tẹme nchi
bọhu wata echi mkpu
g'e yeru mu ẹka;
ẹka ẹnya mu dụ bụ
l'opfu ngu.
148 Ẹnya adụjee mu phọ sasarasa
jasụ nchi abọhu;
k'ọphu mu a-tọ nwẹhu rịa
ọriri l'ukwe-iphe,
i kweshiru.
149 Nụmanu olu mu;
k'ọphu yẹe n-yemobu
ngu a-dagba.
Mephunu ndzụ mu azụ

g'ọ bụru k'ọ̀phúú;
jiko Chipfu, bụ iya bụ iphe,
i kperu l'ikpe.
150 Ndu anọduje achịru mu
ẹjo idzu nọakwa mu ntse;
obenu l'ekemu ngu nọ
phẹ ụzenya.
151 Gụbe Chipfu nọakwapho
ntse; tẹme iphe,
ị sụru g'e meje tụkoru
bụkotaru ire-lanụ.
152 Teke dụhakpowaro ẹnya
bẹ mu shi l'iphe,
ị tụru l'ekemu
nwụta l'ị tọru ọkpa iya
dobe g'ọ nọo jasụ l'ojejoje.
153 Lenaa ẹnya l'iphe-ẹhuka,
mu eje; dzọo mu;
kẹle mu ta zọhajeduru
ekemu ngu.
154 Hanaaru mu enge;
gbafụta mu;
Mephunu ndzụ mu azụ g'ọ
bụru k'ọ̀phúú, bụ iya bụ iphe,
i kweru ukwe iya.
155 Ndzọta nọ ndu ẹjo-iphe
ụzenya;
kẹle ẹphe te esejedu
g'ẹphe e-me maru iphe,
ị tọru ọkpa iya sụ g'e tsoje.
156 Aphụ obu-imemini kẹ gụbe
Chipfu parụ ẹka.
Mephunu ndzụ mu azụ g'ọ

bụru k'ọ̀phúú, bụ iya bụ iphe,
i kperu l'ikpe.
157 Ndu achị mu lẹ njọ pakwarụ
igwerigwe;
ọle iphe ono ta akpọshiduru
mu eme iphe, ị tụru l'ekemu.
158 Ndu e gudedu ire phẹ ẹka
bẹ agbarwuje mu ẹpho
mẹ mu hụma phẹ;
kẹle ẹphe te emejedu iphe,
opfu ngu pfuru.
159 Hụmawaro gẹ mu
yeberu obu l'eme iphe,
ị karụ g'e meje.
Gudenụ kẹle i yeru mu obu
kwachia ndzụ mu
jiko Chipfu.
160 Opfu ngu l'ophu bụkota
ọkpobe opfu;
tẹme ikpe, pfụru ọto ono,
iikpeje ono bụkotaru iphe,
a-nọ jasụ l'ojejoje.
161 Ndu-ishi anọduje akpa
mu ẹhu l'ẹbe adụ iphe,
mu meru phẹ;
obenu l'iphe, mu aphụjeru
kpaakpaakpaa
kpoloko bụ opfu ngu.
162 Ukwe-iphe, i kweru mu
emeje g'ẹhu tsọo mu ụtso;
g'onye kwatarụ iphe,
ha shii l'ọkwata.
163 Ụghoshi dụ mu ashị;

tẹme mu nọdu anọduje
akpọ-yiru iya ukuvu;
obenu lẹ mu yekwanụru
ekemu ngu obu.
164 Ugbo ẹsaa lẹ mbọku bẹ mu
etuje ngu ẹpha k'ikpe ono,
iikpeje nhamụnha ono.
165 Ndu yeru ẹnya l'ekemu ngu
bẹ ẹhu dụkpoo guu
dụshia ya ike;
ọphu ọ dụdu iphe,
byaru abụru opfu dụ phẹ
l'ọkpa.
166 Mu nọ kwabẹru gụbe Chipfu
g'ị bya adzọta mu;
tẹme mu nọdu emeẹpho
iphe, ị sụru g'e meje.
167 Mu emeje iphe, ị tụru l'ekemu;
kẹle mu yeru iya obu
shingushingu.
168 Mu anọduje eme iphe,
ị karụ g'e meje bya
emekwaphọ iphe,
ị tụru l'ekemu;
kẹle iphemiphe,
mu eme bẹ ị makọtaru.
169 Gẹ mkpu, mu echi rwunaa
ngu nchị jiko Chipfu.
Menaa g'iphe doje mu ẹnya,
bụ iya bụ iphe,
opfu ngu pfuru.
170 Jiko g'arwọrwo, mu arwọ
rwunaa ẹka ị nọ.

Nafụtanu mu, bụ iya bụ iphe,
i kweru ukwe iya.
171 G'ogbogboromọnu mu
bụnuru etu ngu ẹpha
eji iya pyịmu;
kẹle i ziru mu iphe,
ị tọru ọkpa iya sụ g'e tsoje.
172 Mu e-gude ọnu mu gụa opfu
nkengu l'ebvu; kẹle iphemiphe,
ị sụru g'e meje pfụru
nhamụnha.
173 Jiko machịnaa ẹka ngu
kwagebe g'i yeru mu ẹka;
kẹle iphe, mu hatarụ bụ
eme iphe, ị karụ g'e meje.
174 Iphe, agụ mu nụ bụ g'ị dzọta
mu jiko Chipfu.
Ekemu ngu adụje mu ree ememe.
175 Hanaa mu gẹ mu nọdu ndzụ
tuje ngu ẹpha.
Jiko g'ikpe, iikpeje
gudeshinaa ndzụ mu.
176 Mu kpaphuhuwaru g'atụru,
tuphahụru etuphahụ.
Jiko chọnaa mụbe
onye-ozi ngu;
kẹle mu ta zọhajeduru
iphe, ị sụru g'e meje.

# 120

*Ebvu, aagụje mẹ a -nọdu eje Jierúsalẹmu*

1 Mu rakuru Chipfu teke mu
eje iphe-ẹhuka;
ọ nụma olu mu.
2 Dzọtanu mu jiko Chipfu
l'ẹka ndu ntuphu-ire;
mẹ l'ẹka ndu ẹregede.
3 Unubẹ ndu ẹregede;
?bụ gụnu bẹ unu arị
l'oo-me unu?
Mbụ ?bụkpoo gụnu bẹ unu
arị l'ọo iphe,
oo-gude byapfuta unu?
4 Oo-zi ndu ojọgu;
ẹphe egude apfụ,
tụpyiru zịnguzingu bya
ahụa unu ahụ̀hù.
Ẹphe emee unu; unu adabyiru
l'ẹka ono ata pfụpfupfu
g'icheku ọku.
5 Nshịo mụbe onye jeru
ahata alị Mẹsheku buru;
mbụ mụbe onye bu
l'ụlo-ẹkwa ndu Keda.
6 Mu lẹ ndu nchị-adụ-doo
dụ ashị shiwaa ụzenya
butaru;
7 obenu lẹ mbẹdua,
bụ onye anọduje eme gẹ
nchị dụ doo-a abụjeru;
mu -nọdu epfuru phẹ
opfu bẹlebele;
ẹphe akpaa vụlavula
g'ẹphe bya etsoo

mu ọgu.

# 121

*Ebvu, aagụje mẹ a -nọdu eje Jierúsalẹmu*

1 Mu paliru ẹnya lee l'eli úbvú
úbvú ono sụ:
“?Bụ awe bẹ n-yemẹka mu
eshije?”
2 N-yemẹka mu eshije l'ẹka
Chipfu;
onye meru igwe mee
mgboko.
3 Onye ono, eche ngu nche
ono bẹ mgbẹnya ta abyadụ
ezinwuta ẹnya;
tẹme ọphu o kwedu g'ọkpa
chiswafụ ngu.
4 Mbụ lẹ-a; onye ono,
eche ndu Ízurẹlu nche ono
bẹ mgbẹnya ta abyadụ
ezinwuta ẹnya;
ọphu ọ bụro k'eje iya
ekuru ekuru.
5 Ọo Chipfu eche ngu nche;
bya abụru iya bụ mkpu,
a tụru doberu ngu;
tẹme ọ bụru iya anọduje ngu
l'ẹkutara egbobuta ngu.
6 Anwụ, echi l'eswe ta adụdu
iphe, oo-me ngu;
ọphu ọ bụro k'ọnwa,

echi l'ẹnyashi.
7 Ọo Chipfu ephufuje ngu
l'ẹka ẹjo-iphe nọkota.
Ọo yẹbedua anọduje eche
ndzụ ngu nche.
8 Ọo Chipfu l'eduje ngu ije
l'ejeje mẹ l'alwalwa;
shita nta-a jasụ l'ojejoje.

# 122

*Ebvu, aagụje mẹ a -nọdu eje Jierúsalẹmu; onye deru iya nụ bụ Dévidi*

1 Ẹhu tsọru mu ụtso teke ẹphe
sụru mu:
“G'anyi je l'eze-ụlo Chipfu!”
2 Anyi zọbeakwaru ọkpa
l'ọnu-abata gụbe Jierúsalẹmu.
3 Jierúsalẹmu bụ eze mkpụkpu,
a kpụru; ọ nọkobe l'ẹka lanụ
ama ntụmatu.
4 Ọo ẹka ono bẹ bụ ẹka
ọkpa-ipfu anọduje awụ ala;
mbụ ọkpa-ipfu kẹ Chipfu;
awụ eje etu Chipfu ẹpha;
bụ iya bụ iphe,
ị tụru l'ekemu doberu
ndu Ízurẹlu.
5 Ọo l'ẹka ono bẹ aba-eze,
a nọ ekpe ikpe nọ;
mbụ aba-eze,
shi l'ụlo Dévidi.
6 Pfuru nụ Chileke gẹ nchị

dụ doo lẹ Jierúsalẹmu:
“G'iphemiphe, bụkwaru ndu
yeru ngu obu k'ọma k'ọma.
7 Gẹ nchị dụkwa ndu igbulọ
ngu nọ-pheru
mgburugburu doo.
G'ẹhu-guu bụkwaru kẹ ndu
bu l'ime ụlo-mgbobuta
ngu.”
8 Mu gude iswi ẹhu unwune mu;
yẹe ọ̀nyà mu phẹ asụ:
“Gẹ nchị dụkwa doo l'ime
gụbe Jierúsalẹmu!”
9 Mu gude iswi ẹhu eze-ụlo
Chipfu, bụ Chileke anyi
achọ g'iphemiphe bụkotaru
k'ọma k'ọma lẹ
Jierúsalẹmu.

# 123

*Ebvu, aagụje mẹ a -nọdu eje Jierúsalẹmu*

1 Mu paliru ẹnya mu lee l'ẹka ị nọ;
mbụ l'ẹka ị nọ gụbe onye ono,
sụgaru l'aba-eze ngu
l'imigwe ono.
2 Ọo ẹgube ono nwoke,
bụ ohu anọduje ele nnajịuphu
iya ẹnya l'ẹka-a;
bya abụru ẹgube ono nwanyị,
bụ ohu anọduje ele nwanyị,
nwe iya nụ ẹnya l'ẹka-a;

bụkwapho g'anyịbedua
a-nọdu ele Chipfu,
bụ Chileke anyi ẹnya l'ẹka
gbiriri jasụ teke ọo-phụru
anyi obu-imemini.
3 Meeruro anyi eze-iphe-ọma
jiko Chipfu.
Jiko meeruro anyi eze-iphe-ọma;
l'ike bvụwaru anyi anụma
ẹka ndu ọzo epfu l'o to
nwedu iphe, anyi bụ.
4 Mbụ ike bvụwaru anyi
anụma ọchi,
ndu eku onwophẹ achị anyi;
waa anụma ẹka ndu etu
onwophẹ ẹpha epfu
l'o to nwedu iphe,
anyi bụ.

# 124

*Ebvu, aagụje mẹ a -nọdu*
*eje Jierúsalẹmu; onye*
*deru iya nụ bụ Dévidi*
1 Ọ tọ bụ lẹ Chipfu nọ-kube
anyi …
Ngwa; g'unubẹ ndu Ízurẹlu
tụko pfua sụ:
2 Ọ tọ bụ lẹ Chipfu nọ-kube
anyi;
teke ndiphe tsoru anyi ọgu;
3 mbụ teke ono, ẹhu-eghu
phẹ shi nwuhu phuruphuru

g'ọku l'ẹhu anyi ono;
m'ẹphe elwekwaa anyi lẹ ndzụ;
4 mbụ-a; ẹphe gege erikwa
anyi tụbukungu g'utso;
bụru ọchioku mini sọta
anyi tụgbua;
5 bụru ukporo-mini
kpota anyi;
anyi eje abụru ọla-l'iswi.
6 G'ajaja bụru kẹ Chipfu,
bụ onye ono, te ekwedu
g'ẹphe gude eze
takashịa anyi atakashị ono.
7 Anahụ, anyi nahụru phẹ
dụwaa g'ẹnu, nahụru
onye agba ọ́nyà-ẹnu.
Ọ́nyá ọbu bẹ a gbajishiru;
anyi shi nno nahụ
gbala.
8 N-yemẹka anyi eshije
l'ẹka Chipfu;
onye meru igwe mee
mgboko.

# 125

*Ebvu, aagụje mẹ a -nọdu eje Jierúsalẹmu*

1 Ndu dakoberu Chipfu dụ
g'úbvú Zayọnu, e tee
nwubatadu enwubata;
bya abụru úbvú,
a-nọwaro jasụ l'ojejoje.

2 Ọo g'úbvú nọ-pheru
Jierúsalẹmu
mgburugburu-a;
bụ gẹ Chipfu a-nọ-pheje
ndibe iya mgburugburu
shita nta-a jasụ lẹ
tuutuutuu lẹ mịimiimii.
3 Ndu ẹjo-iphe taa bụkwaru
ishi ndu pfụberekoto;
ọdumeka bẹ ndu ono
pfụberekoto ono
e-yekwa ẹka l'eme
ẹjo-iphe.
4 Jiko Chipfu; menaarụ ndu
ọma ree;
mbụ ndu obu phẹ
gụru ìphóró.
5 Ọle iphe, bụkpoo ndu
eshi ụzo,
apfụduru nhamụnha
bẹ Chipfu a-tụko ẹphe
lẹ ndu eme ẹjo-iphe
l'alị-a wofukọta.
G'ẹhu-guu bụkwaru kẹ
ndu Ízurẹlu.

# 126

*Ebvu, aagụje mẹ a -nọdu eje Jierúsalẹmu*

1 Teke Chipfu duphutaru ndu
ono, a kpụru lẹ ndzụ
ono azụ lẹ Zayọnu bẹ ọ
dụ anyi g'ọ bụ lẹ nrwọ

bẹ anyi arwọ iya.

2 Ọnu-ọchi kojachaa anyi
asha ekoja.

Ire pfụru anyi ọto l'agụ
ebvu ẹhu-ụtso.

Ndu ọhozo wata epfu sụ:
“Chipfu meakwaru phẹ iphe,
parụ ẹka.”

3 Chipfu meakwaru anyi iphe,
parụ ẹka.

Ọ bụru iya meru g'o gude
ẹhu nọdu atsọ anyi
ntụmatu.

4 Jiko Chipfu; duphunu anyi
azụ l'ọnodu anyi ono;
ẹgube ono, i meru;
nggele sọahaa gborogboro
l'echiẹgu ndọhali ono;
5 k'ọphu ndu gude
ẹnya-mini kụa iphe l'alị
e-gude ebvu ẹhu-ụtso
kpata iya akpata;
6 mbụ l'onye ono,
gude ẹnya-mini akụ
iphe l'alị bẹ a-gụru ebvu
ẹhu-ụtso lwa;
vuru wọpfula-wọpfula iphe,
o metaru l'opfu iya.

# 127

*Ebvu, aagụje mẹ a -nọdu eje Jierúsalẹmu; onye deru iya nụ bụ Sólomọnu*

1 Ọ -bụdu lẹ Chipfu kpụru ụlo
l'onwiya bẹ ndu akpụ iya
nụ akpụkwa kẹ mmanụ.
Ọ -bụdu lẹ Chipfu cheru
mkpụkpu nche l'onwiya
bẹ ndu nche pfụkwaru
nche kẹ mmanụ.
2 Ọ tụkoru bụru kẹ mmanụ
bẹ iitehuje lẹ nchi-abọhu;
laa l'ụlo l'echi abalị;
ẹka iise akanya nri, ii-ri;
kẹle ndu Chipfu yeru
obu azẹjekwaduro lẹ
mgbẹnya;
l'o wotawaru phẹ iphe,
ẹphe e-ri.
3 Ụnwegirima bụ okiphe,
shi l'ẹka Chipfu.
Atsụ ime bụru obunggo,
shi l'ẹka Chipfu.
4 Ụnwegirima, a nwụru
l'okorọbya bẹ dụ g'apfụ,
nọ l'ẹka onye ojọgu.
5 Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ onye
chị iya chị-jia ẹkpa iya.
Iphere ta abyadụ eme iya
m'ẹphe lẹ ndu ọhogu iya
nọdu aba mba

l'ọnu-abata mkpụkpu.

# 128

*Ebvu, aagụje mẹ a -nọdu eje Jierúsalẹmu*

1 Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ iphe,
bụkpoo ndu atsụ Chipfu ebvu;
mbụ ndu bụ ụzo iya bẹ
ẹphe etso.
2 Onye ono a-nọdu ndzụ
ria iphe, o setarụ l'akanya;
tẹme ẹhu-ụtso waa k'ọma
a-bụru nkiya.
3 Nyee ngu a-nọdu l'ibe
ngu dụepho gẹ vayịnu,
amịshi amịmi ike;
tẹme ụnwu ngu adụ
g'ẹkali-oshi olivu
nọ-phee teburu ngu
mgburugburu.
4 Noo g'onye a gọru ọnu-ọma
nụ a-dụ bụ ono;
mbụ onye atsụ
Chipfu ebvu.
5 Gẹ Chipfu shikwa lẹ
Zayọnu gọru ọnu-ọma
nụ ngu.
Tẹme l'ị nọdukwapho
hụma g'ụba Jierúsalẹmu
a-dụ-be shii jasụ
g'ịi-nọ-beru l'eliphe-a.
6 Ịi-nọdukwapho ndzụ
hụma ụnwu
nwanwanwaranwa

ngu.
G'ẹhu-guu bụkwaru
kẹ ndu Ízurẹlu.

# 129

*Ebvu, aagụje mẹ a -nọdu eje Jierúsalẹmu*

1 Ẹphe mewaru mu ewere
megharụ mu iya ẹka
e -shi teke mu bụ nwata …
Ngwa; g'unubẹ ndu Ízurẹlu
tụko pfua sụ:
2 Ẹphe mewaru mu ewere
megharụ mu iya ẹka
e -shi teke mu bụ nwata;
obenu l'ẹphe te
emekpeduru mu.
3 Ẹphe gudewaa ẹchachi
chia mu kpachacha.
Ọ́nyá, ẹphe chibashịru
mu l'okpurukpu
dabyichaẹrupho dụ
g'ẹka a warụ ọswawara.
4 Obenu lẹ Chipfu bụ onye
pfụberekoto.
Ọ gbẹshiru bya atọo mu
l'ẹgbu, ndu ẹjo-iphe shi
kee mu;
mu nweru onwomu.
5 G'iphe, bụkpoo ndu Zayọnu
dụ ashị bụkwaru ndu
e-gude iphere laphu azụ.

6 G'ẹphe dụkwa g'ẹswa,
furu l'eli ẹswulo, abụjeru:
Ọ -bya asụru evuvu;
anwụ ewowaru iya chigbua.
7 Ẹswa ono ahatabeje nwanshịi
k'ọphu bụ l'onye jeru iya
egbuta abụjeru;
o -gbua nta gbua imo;
o too gbutadu ẹswa,
jiru iya ọbochi-ẹka;
ọphu ọ bụro k'asụru
upfu ẹswa.
8 G'iphe, bụkpoo ndu
aghata aghata ghajẹkwa
phẹ iswi ekele.
G'ọ to dụkwa onye a-sụ
phẹ g'ọnu-ọma kẹ
Chipfu bụru nkephẹ;
ọzoo l'ẹphe gude
ẹpha Chipfu agọru
phẹ ọnu-ọma.

# 130

*Ebvu, aagụje mẹ a -nọdu eje Jierúsalẹmu*

1 Mu nọ l'echi ogbumini
k'iphe-ẹhuka araku
gụbe Chipfu;
2 Jiko Nnajịuphu; nụmanu olu
mu.
Ngabẹnuru mu nchị lẹ mkpu,
mu echi g'i meeru mu
eze-iphe-ọma.

3 Ọme gụbe Chipfu edobeje
iphe-ẹji, onyemonye eme;
?bụ onye gege adụ ike
pfụru l'atatiphu gụbe
Nnajịuphu?
4 Obenu lẹ gụbedua agụje nvụ.
Ọ bụru iphe ono meru g'o
gude a nọdu atsụ
ngu ebvu.
5 Mu nọ kwabẹru Chipfu;
tẹme obu mu nọdu
elekwaphọ ẹnya iya.
Ọ bụru l'opfu iya bẹ mu
daru ngabẹru.
6 Obu mu nọ ele ẹnya
Nnajịuphu leghata
g'onye-nche anọduje
ele gẹ nchi bọhu-kebe;
mbụ l'obu mu ka ele
ẹnya Chipfu eme lẹ gẹ
ndu nche anọduje
eleberu ẹnya nchi-abọhu.
7 Jiko Ízurẹlu; g'ẹnya unu
dụro l'ẹka Chipfu nọ;
kẹle Chipfu bụ onye
eyeje obu yegharụ iya ẹka;
tẹme ọ nọdu agbafụtaje
nemadzụ l'iphe-ẹji iya g'ọ ha.
8 Ọ bụru yẹbedua l'onwiya
a-gbafụtakota ndu Ízurẹlu
l'iphe-ẹji, ẹphe meshiru.

# 131

*Ebvu, aagụje mẹ a -nọdu eje Jierúsalẹmu; onye deru iya nụ bụ Dévidi*

1 Mu te egudedu obu mu eku
onwomu; jiko Chipfu;
ọphu mu aradu ẹnya k'etsetse.
Mu ta ayọjedu ọshi l'iphe,
parụ ẹka;
ọphu mu ejejedu ekobe ẹka
l'iphe, mu asụdu.
2 Iphe, mu mechiaru bụ lẹ
mu tọru nwẹhu woru
obu mu dobekpọepho
nwadoo.
Ọo gẹ nwata, a mịfuru ọnu
l'ẹra anọduje nwapyaa
lẹ mgboru ne iya;
bụkpoepho g'obu mu
nọ l'ime mu.
3 Jiko unubẹ ndu Ízurẹlu;
g'ẹnya unu dụnu l'ẹka
Chipfu nọ;
shita nta-a jasụ lẹ
tuutuutuu lẹ mịimiimii.

# 132

*Ebvu, aagụje mẹ a -nọdu eje Jierúsalẹmu*

1 Gụbe Chipfu; nyatanụ Dévidi
yẹe iphe-ẹhuka, ọ nọ jegbabẹ.
2 Ọ gụru ẹnwa; ria nte l'iphu

Chipfu; mbụ ria angụ
l'iphu Ọkalibe kẹ Jiékọpu
sụ:
3 “Mu te eyedu ishi l'ụlo mu;
ọphu mu abyadụ abahụ
ẹka mu azẹje azẹe.
4 Mu ta abyadụ ekwe gẹ
mgbẹnya shisweta mu
ẹnya;
mbụ lẹ mu ta abyadụ
ekwe gẹ mgbẹnya mia
mu ẹka l'ẹnya;
5 jasụ mu ahụma ẹka mu
a-chọtaru Chipfu g'o buru;
mbụ ẹka Ọkalibe kẹ
Jiékọpu e-buru.”
6 Anyi nụmaru l'ọ nọ lẹ Ifurata.
Anyi tụgbua je ahụma
iya l'ọma ẹgu
Kiriyatu-Jiarimu.
7 Unu g'anyi jenụ l'ụlo-ẹkwa
Chileke.
Unu g'anyi jenụ apfukube
iya baarụ iya ẹja.
8 Gbalihunụ jiko Chipfu;
bya l'ọkpoku ngu;
gụ l'okpoko ọgbandzu
ngu ono, egoshi ike
ngu ono.
9 Gẹ ndu-uke ngu yenaa
apfụbekoto g'uwe.
Ndu dụru ngu nsọ agụa
ebvu ẹhu-ụtso.

10 Gudenụ iswi ẹhu Dévidi,
bụ onye-ozi ngu nyata
onye ono, ị wụru
manụ l'ishi gude mee ya;
ọ bụru eze ono.
11 Chipfu riburu Dévidi angụ;
mbụ angụ, keru jịngujingu,
ọ tọ byadu emebyi
emebyi.
Ọ sụru iya: “Ọo onye lanụ
lẹ ndu bụ oshilọkpa
ngu bẹ mu e-me g'ọ nọdu
l'aba-eze ngu.
12 Ọ -bụru l'ụnwu ngu doberu
ọgbandzu mu l'ẹphe;
bya eme iphe,
mu tụru l'ekemu;
ọo ya bụ; ụnwu phẹ
anọwaro l'aba-eze ngu
jasụ l'ojejoje.”
13 Chipfu gudewaa ẹka iya
họta Zayọnu;
kẹle ẹka ono dụ iya ree
k'eburu; noo kẹle ọ sụru:
14 “Ọo ẹka-a bẹ mu e-me ọkpoku
mu jasụ lẹ tuutuutuu
lẹ mịimiimii;
tẹme ọ bụru ẹka-a bẹ
mu e-dobe aba-eze mu sụgaru;
noo kẹle ọo g'ọ dụ mu
ree bụ ono.
15 Mu a-gọru ọnu-ọma nụ iya
g'o nweru iphe nweru

k'etsutsu iya.
Ndibe iya ndu ọphu daru
ụkpa bẹ mu a-nọdu
azụ-ji ẹpho.
16 Ndu uke Chileke nkiya bẹ
mu adzọta ọkpobe adzọta;
mbụ lẹ ndu dụru Chipfu
nsọ a-nọduepho agụ
ebvu ẹhu-ụtso.
17 Ọ bụru ẹka ono bẹ mu
a-gbẹ mee g'onye ike dụ
shi l'ọnu-ụlo Dévidi fụta;
tẹme mu anwụru ọku
ye l'orọku onye mu
wụru manụ l'ishi gude
mee ya; ọ bụru eze.
18 Mu e-me g'iphere dụ
ndu ọhogu iya ọkpobe
adụdu;
obenu lẹ yẹbedua bẹ
mu e-kpube okpu-eze,
a-nọdu eke paapaapa."

# 133

*Ebvu, aagụje mẹ a -nọdu eje Jierúsalẹmu; onye deru iya nụ bụ Dévidi*

1 Lewarọ g'ọ dụ-be ree bya adụ
ùbvù l'ẹnya;
kẹ g'ụnwunna bukọbe
tụgba bụru nanụ.
2 Ọ dụepho g'ọkpobe manụ,
eshi mkpọ, a wụru

Erọnu l'ishi;
o shi iya l'ishi sọfuta iya
l'ẹ́jí-agba;
gbaa ya gorogoro sọfuta
l'igburọnu uwe iya.
3 Ọ dụkwapho g'ẹka iji,
shi l'úbvú Hamọnu
akwa l'eli úbvú Zayọnu.
Ọo l'echilabọ ndu dụ nno
bẹ Chipfu agọjeru ọnu-ọma
nkiya nụ;
mbụ ọnu-ọma ọphu bụ
ndzụ ojejoje.

# 134

*Ebvu, aagụje mẹ a -nọdu eje Jierúsalẹmu*

1 Unu jaa Chipfu ajaja unubẹ
ndu-ozi Chipfu g'unu ha;
unubẹ ndu anọduje
ejeru Chipfu ozi l'ụlo
nkiya l'ẹnyashi.
2 Unu palia ẹka unu imeli l'ụlo,
dụ nsọ kẹ Chipfu;
kele iya ekele!
3 Gẹ Chipfu, bụ onye meru
igwe mee mgboko gbẹ
lẹ Zayọnu gọru ọnu-ọma
nụ ngu.

# 135

1 Unu jaa Chipfu ajaja.
Unu tua Chipfu ẹpha.

Unu tua ya ẹpha; unubẹ ndu
ejeru Chipfu ozi;
2 mbụ unubẹ ndu eje ozi
l'eze-ụlo Chipfu;
mẹ l'ọma-unuphu Chileke
anyi.
3 Unu tua Chipfu ẹpha kẹle
Chipfu dụ ree.
Unu gụa ebvu gude tua ya
ẹpha; kẹle ọo iphe,
gbaru nụ bụ ono;
4 kẹle Chipfu họtawaru
Jiékọpu g'ọ bụru nkiya;
mbụ l'ọ hatawaru
Ízurẹlu g'ọ bụru ndu o nwe
enwenwe gẹdegede kpọ.
5 O doru mu ẹnya lẹ Chipfu
parụ ẹka;
mbụ lẹ Nnajịuphu anyi
tụkoru agwa l'ophu
kakọta shii.
6 Ọo iphe, dụ Chipfu ree bẹ
oomeje l'imigwe mẹ
l'eliphe l'ophu.
Ọ bụkwarupho iphe,
dụ iya ree bẹ oomeje
l'ime eze-ẹnyimu mẹ
l'ime ogbumini,
dụ iya nụ.
7 Igwe -nọdu erwu
erwurwu bẹ oomeje
g'o shi l'ẹka igwe
beru alị beru wata

erwurwu.
Ọ nọdu emeje g'egbigwe
daa m'ọ nọdu edze mini;
tẹme ọ nọdu emeje gẹ
phẹrephere shi lẹ
mkpuru ẹka ọ tụ-chiru
iya wata ezizi.
8 Iphe, bụkpoo ọkpara,
nọ lẹ Ijiputu bẹ o
chigbushiru;
mbụ iphe, bụ ọkpara
lẹ nemadzụ yẹle
iphe-edobe.
9 Iphe-ọhumalenya iya;
waa iphe, dụ biribiri
bẹ o mekọtaru unubẹ
ndu Ijiputu.
Ono bụru iphe, o gude
hụa Fero yẹe
ndu-ozi iya ahụ̀hù.
10 Ọhamoha,
dụ igwerigwe bẹ o
chitsushiru;
bya egbushikwaphọ ndu
eze, ọkpehu dụ.
11 O gburu Sihọnu,
bụ eze ndu Amọru;
bya egbua Ọgu,
bụ eze ndu Beshanu;
bya egbushikwaphọ eze
ndu Kénanu g'ẹphe
hakọta.
12 O woru alị phẹ washịaru

ndu nkiya, bụ Ízurẹlu;
g'ọ bụru okiphe phẹ.
13 Ẹpha gụbe Chipfu anọje
ojejoje.
Ọphu a byadu azọha ngu
azọha;
e -shi l'ọgbo sweru ọgbo;
14 kẹle Chipfu a-harụ ndibe
iya enge;
shi nno dụa ndu ejeru iya
ozi obu.
15 Agwa ndu ọhozo bụgbaa
mkpọla-ododo yẹe
mkpọla-ọchaa,
bụ iphe, nemadzụ gude
ẹka mee.
16 Ẹphe nweru ọnu;
ọphu ẹphe epfudu opfu.
Ẹphe nweru ẹnya;
ọphu ẹphe aphụdu
iya ụzo.
17 Ẹphe nweru nchị;
ọphu ẹphe anụdu iya iphe;
tẹme ọphu ọ dụdu unme ndzụ,
nọ phẹ l'ime.
18 Ndu agwọ phẹ nụ a-dụepho
g'ẹphe dụ;
mẹkpoo ndu dakoberu
phẹ nụ.
19 Unubẹ ndibe Ízurẹlu;
unu tua Chipfu ẹpha.
Unubẹ ndibe Erọnu;
unu tua Chipfu ẹpha.

20 Unubẹ ndibe Lívayi;
unu tua Chipfu ẹpha.
Unubẹ ndu atsụ Chipfu ebvu;
unu tua Chipfu ẹpha.
21 G'a gbẹkwa lẹ Zayọnu
tua Chipfu ẹpha;
mbụ onye ono,
bu lẹ Jierúsalẹmu ono.
Unu jaa Chipfu ajaja.

# 136

1 Unu kele Chipfu ekele;
kẹle ọ bụ onye ọma.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
2 Unu kele Chipfu ọphu kakọta
agwa l'ophu shii.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
3 Unu kele Nnajịuphu ndu bụ
nnajịuphu l'ophu.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
4 Kele onye bụ yẹbedua
kpoloko emeje
iphe-ọhumalenya,
parụ ẹka.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
5 Onye bụ mmamiphe iya bẹ o
gude mee eligwe.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.

6 Mbụ onye woru mgboko-a
l'ophu phụshi l'eli mini.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
7 Ọ bụru iya meshiru eze
iphe-a, emeje g'ìphóró dụ-a,
dụgbaa biribiri-a.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
8 O meru ẹnyanwu g'o chije
l'eswe.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
9 O mee ọnwa; waa kpokpode
g'ẹphe chije l'ẹnyashi.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
10 Unu kele onye chigbushiru
ndu shi bụru ọkpara
lẹ Ijiputu.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
11 Onye dufutaru ụnwu
Ízurẹlu l'echilabọ phẹ.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
12 Ọ bụru l'ike ọkpu iya bẹ o
gude dufuta phẹ.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
13 Unu kele onye bụ iya
kekaharụ Eze-ẹnyimu
Uswe-uswe ẹbo.

N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
14 Onye duru ndu Ízurẹlu
ghabua ya ẹbo.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
15 O kpota Fero yẹe ndu ojọgu
iya l'ophu kporu ye lẹ
Eze-ẹnyimu
Uswe-uswe ono.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
16 Unu kele onye bụ iya
duru ndibe iya ije
l'echiẹgu.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
17 Onye chigbushiru ndu
eze, ọkpehu dụgbaa.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
18 Onye gbushikwarụpho
ndu eze, a maru ẹpha phẹ.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
19 O gburu Sihọnu,
bụ eze ndu Amọru.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
20 Ọ bya egbua Ọgu,
bụ eze ndu Beshanu.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.

21 O woru alị phẹ nụ onye
ọzo g'ọ bụru okiphe iya.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
22 Ọo onye-ozi iya, bụ Ízurẹlu
bẹ ọ nụru iya.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
23 Ọo ya nyatarụ anyịbe ndu
adụdu iphe, anyi bụ.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
24 Ọ bya anafụta anyi l'ẹka
ndu achị anyi lẹ njọ.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
25 Ọ bya abụkwaru iya phọ
azụkota iphemiphe,
nọ ndzụ.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.
26 Unu kele Chileke
k'imigwe ekele.
N-yemobu iya anọje jasụ
l'ojejoje.

# 137

1 Anyi rwuru l'agụga ẹnyimu
Bábilọnu.
Anyi nọshia anọo kwaa
ẹkwa;
ẹka anyi nyatarụ Zayọnu.
2 Anyi woru une anyi kobe

l'ẹkali-oshi wilo l'ẹka ono;
3 kẹle anyi rwuru ẹka ono;
ndu kpụru anyi lẹ ndzụ
sụ g'anyi gụtaru phẹ
ebvu.
Ndu ono, eme anyi omeliwe
ono sụ g'anyi metaru
phẹ ẹmereme.
Ẹphe sụru anyi: “Unu chọnaa
ebvu ndu Zayọnu
nanụ gụaru anyi!”
4 Ọle ?dẹnu g'anyi e-shi pata
ebvu, e gude ekutse
Chipfu je agụaha l'alị
ndu ọhozo?
5 Ọ -bụru lẹ mu zọharu
gụbe Jierúsalẹmu;
g'ẹka-ụtara mu zọhakwa
iphe, ọ maru ememe.
6 G'ire nyakụkwaru mu l'akpo;
m'ọ bụru lẹ mu ta
anyatadụru ngu;
mbụ m'ọ bụkpodaa gụbe
Jierúsalẹmu bẹ mu meru
mkpụkpu, emeje g'ẹhu
kachaa mu atsọ ụtso.
7 Gụbe Chipfu; nyatakwa iphe,
ndu Edọmu meru mbọku,
Jierúsalẹmu daru!
Ẹphe tụkoru tụshia ụzu sụ:
“Unu tsukpọshia ya.
Unu tsukpọshia ya tsurwua
ẹka a tụru ọkpa iya.”

8 Gụbe nwada Bábilọnu;
iphe, swiru ngu nụ bụkwa
ọla-l'iswi.
Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ onye
a-pfụ ngu ụgwo iphe,
i meru anyi-a;
9 mbụ onye a-nata ngu ụnwu,
ị nwụru k'ọ̀phúú kụa
pyaapyaa lẹ mkpuma.

# 138

*Ebvu, Dévidi deru*

1 Gụbe Chipfu; mu e-gude obu
mu g'ọ ha jaa ngu ajaja.
Mu a-nọdu l'iphu agwa gụa
ebvu gude tua ngu ẹpha.
2 Mu a-gha iphu l'ụzo
eze-ụlo ngu, dụ nsọ baarụ
ngu ẹja.
Mu e-tu ngu ẹpha kẹle ị bụ
onye n-yemobu;
bya abụru onye apfụshije
ike l'iphe, i pfuru;
kẹle i meru ẹpha ngu yẹe
opfu ngu;
ẹphe kakọta iphemiphe l'eli.
3 Mu rakuru ngu; ị za mu ẹnu.
I meru ọkpehu nụ mu;
bya emee mu; mu nyaaha ǹdụ́.
4 Iphe, bụkpoo eze
ụnwu-eliphe l'ophu a-ja ngu
ajaja gụbe Chipfu;

m'ẹphe nụma opfu,
shi ngu l'ọnu.
5 Ẹphe e-gude ụzo kẹ Chipfu
ono gụa l'ebvu;
kẹle o-gbu-nwịinwii kẹ
Chipfu parụ ẹka.
6 A makwarụ-a lẹ Chipfu nọ
l'ephekerephe;
obenu l'ẹnya iya adụjeele-a
l'ẹka ndu lwazeru nụ nọ;
mbụ lẹ ndu eku onwophẹ
bẹ ọogbeje ụzenya maru.
7 Ọ tọ dụdu m'obeta
mu je aghajaa echilabọ
iphe-ẹhuka;
l'i kpuchiẹle mu-a;
ọ tọ dudu iphe, eme mu nụ.
Ịimachije ẹka nwuphu ndu
gude ẹhu-eghu achị mu lẹ
njọ azụ.
Ọ bụru ẹkutara ngu ono bẹ
iigudeje dzọo mu.
8 Iphe, bụkpoo iphe,
Chipfu kweru ukwe lẹ ya
e-me bẹ oo-mekọtaru mu.
Gụbe Chipfu; n-yemobu
ngu anọje jasụ l'ojejoje.
Jiko be buhakwa ozi ono,
i gude l'ẹka eje ono.

# 139

*Ebvu-ọma, Dévidi deru*
*nụ onye-ishi ebvu*

1 Gụbe Chipfu; ị vọchawaru
mu obu.
Nta-a bẹ ị mawaru gẹ mu gbaru.
2 Ị maru teke mu nọ anọo;
maru teke mu gbẹshiru
agbẹshi.
Ịinoduje ụzenya maru iphe,
mu arị l'obu mu.
3 Ịimajeru teke mu agbẹshi eje
iphe;
waa teke mu zẹ azẹe.
Iphe, bụ ụzo mu l'ophu
dokọtaru ngu ẹnya.
4 Ọobujeru; opfu -bya eshi mu
l'ọnu fụta;
l'ị makọtawaru iphe,
mu abya epfupfu gụbe Chipfu.
5 Ị nọ-pheru mu mgburugburu
iphu l'azụ.
I wowaru ẹka ngu byabẹ mu
l'ishi.
6 Amama ono, ị maru mu ẹgube
ono dụkwa mu oke biribiri;
bya apaa mu ephekerephe
k'ọphu uche mu te erwudu iya.
7 ?Bụ awe bẹ mu a-nọdu,
bụ ẹka Unme nkengu anọdu?
?Bụ awe bẹ mu a-gbaru laa,
bụ ẹka ị tị hụmaduru mu?
8 Mu -pheru lashịa l'imigwe
bẹ ị nọwaa l'ẹka ono.
Teke mu jeru je agbaa
iphe-azẹe l'alị-maa zẹe

bẹ ị nọkwa iya phọ.
9 Mu -chịta ǹkù nchi-abọhu
kpube onwomu;
gude iya phee pherwua
ẹka ẹnyimu sọ-beru gbụru;
10 mbụkponu l'ẹka ono bẹ
ịi-nọduelekwa-a edu mu;
tẹme ẹkutara ngu egudelẹ
mu-a gudeshia mu ike.
11 Teke mu sụru lẹ mu maru-a
l'ọchii e-domi mu-a;
l'ìphóró a-bụru-a ẹnyashi
nọ-phee mu mgburugburu;
12 l'ị bya egoshi l'ọchii ono
ta abụdu ọchii l'ẹka ị nọ.
Ẹnyashi ono taa bụkpodaru
ngu nụ ọchii.
Ẹnyashi ono a-nọduele-a
echi swachaswacha
g'echi-eswe;
kẹle gụbedua bẹ ọchii
dụele-a g'ìphóró.
13 Kẹle iphemiphe, nọ mu l'ime
ẹhu bụ ngu meru iya;
tẹme ọ bụru ngu dzepfuru
mu nanụ teke mu nọ l'ẹpho
ne mu.
14 Iphe, mu ekele ngu ekele
iya bụ l'i meru mu l'ụzo,
dụ ebvu bya adụ biribiri.
Iphe, doru mu ẹnya
rengurengu bụ l'ozi,
iijeje dụ biribiri.

15 Ọkpu ọkpu, nọ mu l'ẹhu g'ọ
ha ta adụdu ọphu e domiru
ngu edomi teke ono,
eeme mu l'ọchii ono.
Teke mu nọ l'ime ẹpho;
e mengashịa mu dzepfua mu;
mu bụru nanụ-a;
16 bẹ i gudehawaa ẹnya
ngu hụma ogwe mu ọphu
adụkpodaa g'e mewaru iya.
Ujiku ole, a tuburu lẹ mu
a-nọ l'eliphe-a bẹ e
dekọtahawaru l'ẹkwo ngu;
tẹme mu bebe nọo g'ọ ka
mma l'ọo ujiku ono nanụ.
17 Ẹgube g'ọriri, ịiriru mu
dụ-bekwanụ mu mkpa;
gụbe Chileke.
A -chịkobe iya bẹ ọ pakwarụ
ẹka apaa.
18 Ọ -bụru gẹ mu wata iya
agụgu bẹ ọ kakwa ẹja,
nọ l'alị l'ọtu.
Mu -shikpọ lẹ mgbẹnya tehu;
mu -tehushia mu lẹ ngu
anọdukwa g'anyi nọ.
19 Gụbe Chileke;
ọ dụ mu g'a sụ l'ị tụkoru
ndu ẹjo-iphe gbushia.
Unu parụ mu haa;
unubẹ ndu ono,
egbu ọchi anọduje agụ
g'onye mini agụ ono.

20 Ndu ono anọduje achịru
gụbe Chileke ẹjo idzu;
tẹme ẹphe nọdu achị ngu
lẹ njọ;
bya eku ngu oku-eswe.
21 Iphe, bụ ndu kpọru gụbe
Chipfu ashị bẹ mu
kpọkwarupho ashị;
tẹme iphe, bụkpoo ndu
kwolihuru etso ngu opfu
bẹ mu anọduje
akpọ-yiru ukuvu.
22 Ẹphe dụ mu ashị mebyi
adụdu;
mbụ lẹ mu agụkobeje
phẹ lẹ ndu ọhogu mu.
23 Vọchanaa ọkpoma mu jiko
Chileke;
maru iphe, dụ mu l'obu.
Hụnaa mu ama maru g'ọriri
mu gbaru.
24 Lenaa mu ẹnya maru;
?ọ dụru ẹka ụzo
kpọswehuru mu?
Ọ -bụru l'ọ dụru;
jiko duphutanu mu azụ
l'ụzo ndzụ ojejoje.

# 140

*Ebvu-ọma, Dévidi deru
nụ onye-ishi ebvu*

1 Nafụtanu mu l'ẹka ndu
ẹjo-iphe jiko Chipfu.

Letanụ mu ẹnya gẹ mu
ta adaba l'ẹka ndu emeje
nemadzụ mkpawere.
2 Ndu bụepho ẹjo-iphe bẹ ẹphe
anọduje achị idzu iya
l'ime obu phẹ;
bya abụerupho ọgu bẹ ẹphe
anọduje akpali
mbọku-mbọku.
3 Ire phẹ bẹ ẹphe emeje
l'ọotsu nkọ g'ire ẹjo agwọ.
Opfu, eshije phẹ l'ọnu nọdu
egbu egbugbu g'ẹru ogiji.
4 Gudeshinaa mu jiko Chipfu;
gẹ mu ta adaba l'ẹka
ndu ẹjo-iphe.
Phufunu mu l'ẹka ndu emeje
nemadzụ mkpawere;
mbụ ndu achọ ụzo,
ẹphe e-shi chikota mu ọkpa!
5 Ndu eku onwophẹ
gbabẹwaru mu ọ́nyà.
Ẹphe gebecharu ụgbu
phẹ kwabẹru mu;
bya atụa igbudu dokaa l'iphe,
bụkpoo ụzo, mu eshi eshishi.
6 Gụbe Chipfu; iphe,
mu epfuje bụ l'ọo ngu
bụ Chileke mu.
Jiko Chipfu; nụmanu mkpu
ono, mu echi sụ g'i
menaarụ mu eze-iphe-ọma ono.
7 Gụbe Chipfu, bụ Nnajịụphu

anyi;
gụbe onye ike dụ;
bya abụru onye adzọje
mu nụ;
gụbe onye egbobutaję
ishi mu mẹ a -nọdu alwụ ọgu;
8 be mekwarụ ndu ẹjo-iphe
iphe ono, agụ phẹ nụ ono;
jiko Chipfu.
B'ekwekwa g'ìdzù, ẹphe achị
jee g'ẹphe achị iya.
Ọdumeka bẹ ẹphe a-watakwa
eku onwophẹ.
9 G'iphe, e-rikpute ndu ono,
kepheru mu
mgburugburu ono
ishi bụkwaru iphe-ẹhuka,
ẹphe gude ire phẹ
kpatarụ onwophẹ.
10 G'icheku-ọku, ata pfụpfupfu
bụkwaru iphe, aa-zụbe
phẹ l'ishi.
G'a pakwarụ phẹ chie echie
l'ọku, enwu
phoophoophoo;
mbụ l'ime nsụ,
ẹphe ta abyadụ afụtaba afụta.
11 Gẹ ndu njọ-opfu ta
angụkwaru angụru l'alị-a.
G'ẹjo-iphe chịkwa nta ndu
mkpawere ono.
12 Mu maru-a lẹ Chipfu ahajẹru
onye ụkpa enge;

tẹme ọ nọdu emeje g'ikpe
kalẹru onye adụdu g'ọ
dụ iya.
13 Gẹ mu gbukwaa ya tororo;
ndu pfụberekoto e-kelekwa
ngu ekele;
tẹme ọ bụru l'iphu ngu bẹ
ndu obu phẹ gụru ìphóró
e-buru eburu.

# 141

*Ebvu-ọma, Dévidi deru*

1 Gụbe Chipfu; mu araku ngu.
Gbanaaru mu mkpu
ẹgwegwa.
Nụmanu olu mu mẹ mu
raku ngu.
2 G'epfupfu, mu epfu anụ ngu
shikwa ngu mkpọ
g'ụ̀nwù-isẹnsu.
G'ẹka, mu chiliru imeli epfu
anụ ngu dụkwa ngu g'anụ,
e gburu wotaru ngu
l'ụzenyashi.
3 Yenu ndu nche g'ẹphe chee
ọnu mu nche;
jiko Chipfu.
Jiko chenu ogbogboromọnu
mu nche.
4 Te ekwekwa g'obu mu
ghaaru eme ẹjo-iphe iphu;
mbụ gẹ mu tsoru ndu
ẹjo-iphe wata eme ẹjo-ememe;

ọphu mu etsokwaru phẹ
ria iphe,
ẹphe kwakọberu mu shi
nno rirwụa onwomu.
5 G'onye pfụberekoto chia
mu rọ iphe.
Ọo-dụ mu rọ g'ọ bụ iphe-ọma
bẹ o meru mu.
G'ọ baarụ mu rọ mba.
Ono a-gbẹro dụ mu g'ọ bụ manụ,
eshi mkpọ bẹ ọowu
mu l'ishi.
Ishi mu bẹ ọo-gbẹnu
atsọ ntụmatu.
Obenu lẹ mu anọdujeepho epfu
anụ ngu sụ g'i mee g'ẹjo
idzu ndu ẹjo-iphe ta vụ.
6 Ndu-ishi phẹ bẹ ee-nwufu
lẹ mkpakpọnu ẹka
ẹphe degeru.
Ọo ya bụ gẹ ndu ẹjo-iphe
amaru l'iphe,
mu pfuru bẹ mu pfuru
nhamụnha.
7 Ẹphe asụ: “Ọo g'aakọje ọkoro
gbubashịa alị-a;
bụ g'a tụkashiru ọkpu anyi
nanụ nanụ l'ọnu ilu.”
8 Obenu lẹ mbẹdua bụ l'ẹka
ị nọ bẹ mu dabẹru ẹnya
gụbe Chipfu,
bụ Nnajịuphu anyi.
Ọo l'ime ngu bẹ mu gbabarụ

je anọdu ezeru ndzụ.
Jiko te enwukwaru mu
haarụ ọnwu.
9 Menaa gẹ mu ta adalahụ l'ọ́nyà,
ẹphe gbabẹru mu;
mbụ l'igbudu,
ndu ẹjo-iphe tụru doberu mu.
10 Gẹ ndu ẹjo-iphe dalahụkwa
l'ụgbu, ẹphe geberu.
Gẹ mbẹdua ghata phẹ g'ọ tọ
dụ iphe, e-me mu nụ.

# 142

*Ẹ́vù, Dévidi kwarụ teke ọ nọ l'ọgba epfu anụ Chileke*

1 Mu chiru mkpu chishia ya
ike chiku Chipfu.
Iphe, mu chidoru mkpu ono
bụ g'o meeru mu
eze-iphe-ọma.
2 Mu woru iphe, atsụ mu
l'ẹhu woru dooru iya;
mbụ lẹ mu woru iphe-ẹhuka,
mu eje g'ọ ha dokọtaru iya.
3 Teke ike abvụkpowa mu
abvụbvu bụ gụbedua
abọru mu ụzo.
L'ụzo, mu eshikpọo eshishi
bẹ ndiphe gbakaẹrupho
ọ́nyà gẹ mu nmalahụ.
4 Lenaa ẹnya l'ẹkutara mu;
hụma l'ọ tọ dụdu onye

akpa mu ishi.
Mu te nwedu ẹka bụ:
mu -gbabata iya;
mu anọdu iya zee ndzụ;
noo kẹle ọ tọ dụdu onye
akpa ndzụ mu ishi.
5 Ọ bụru gụbe Chipfu bẹ
mu chikuru lẹ mkpu.
Mu sụru-a: “Ọo l'ime ngu
bẹ mu anọduje ezeru ndzụ;
tẹme ọ bụru ngu bụ
okiphe nkemu l'alị ndu
nọ ndzụ.”
6 Ngabẹnu nchị nụma mkpu,
mu echi;
kẹle ọ dụru iphe,
atsụshikpo mu l'ẹhu ike.
Jiko nafụtanu mu l'ẹka
ndu achị mu lẹ njọ;
kẹle ẹphe ka mu ọkpehu.
7 Gbafụtanu mu lẹ mkpọro-a,
mu nọ-a;
k'ọphu mu e-kele ngu
ekele iya.
Ọo ya bụ gẹ ndu pfụberekoto
anọ-phee mu mgburugburu;
noo kẹle ị nwụbenukaru
mu ẹnya.

# 143

*Ebvu-ọma, Dévidi deru*

1 Gụbe Chipfu;
nụmanu epfupfu, mu epfu

anụ ngu.
Ngabẹnu nchị nụma mkpu,
mu echi sụ g'i meeru
mu eze-iphe-ọma.
Eshinu ị bụ onye pfụberekoto
bya abụru onye apfụshije
ike l'iphe, i pfuru;
jiko zanụ mu ẹnu!
2 Jiko te ekpeshinu mụbe
onye-ozi ngu ikpe;
kele ọ tọ dụdu nemadzụ,
dzụ ndzụ, pfụberekoto
l'iphu ngu.
3 Onye ọhogu mu chịru
mu gude;
bya echita mu tụa l'alị;
bya emee mu;
mu nọdu l'ẹka gbakọtaru
ọchii g'akahụ maa,
nwụhuru lẹ ndiche.
4 Noo g'o gude ike wata
mu abvụbvu.
Obu wata mu akụ photophoto.
5 Mu nyata g'o shi adụje
teke ndiche.
Mu bya anọdu nggujingguji
rịahaa iphe, bụkpoo iphe,
i mekọtaru anyi;
bya elerwebaa ẹnya ree
l'iphemiphe,
i gude ẹka ngu mee.
6 Mu chiliaru ngu ẹka mu labọ
imeli.

Ẹgu ngu gụahaa obu mu
g'ẹgu-mini anọduje agụ
alị-ọkponku-a.
7 Zanụ mu ẹnu ẹgwegwa jiko
Chipfu;
kẹle ike abvụwaa mu l'ele
ẹnya ngu.
Be domikwaru mu iphu
ngu edomi;
ọdumeka bẹ mu a-dụkwa
gẹ ndu e liru l'ilu.
8 O -rwutashịa echele gẹ
mu nụmanu opfu,
a-nọdu akọru mu kẹ
n-yemobu ngu;
kẹle ọo ngu bẹ mu dakoberu.
Jiko goshinụ mu ụzo,
mu e-shije;
kẹle ọo l'ẹka ị nọ bẹ obu
mu nọ.
9 Nafụtanu mu l'ẹka ndu ọhogu
mu phẹ jiko Chipfu;
kẹle ọo l'ime ngu bẹ mu
domiru onwomu.
10 Zia mu iphe, bụ uche ngu
gẹ mu meje;
kẹle ọo ngu bụ Chileke mu.
Jiko gẹ Unme nkengu,
bụ ọkpobe Unme ono
dunaa mu shia ụzo,
pfụru nhamụnha.
11 Kebenu ndzụ mu l'ọma jiko
Chipfu; g'ẹpha ngu apfụru.

Gudenụ apfụbekoto
nkengu nafụta mu
l'iphe-ẹhuka-a, mu eje-a.
12 Gudenụ kẹle i yeru mu obu;
mee g'ọnu bụru ndu ọhogu
mu kpụrukudukuu.
L'ị tụko ndu achị mu lẹ njọ
g'ẹphe ha mee g'ẹphe
bụru mkpurupyata;
noo kẹle mu bụ
onye ejeru ngu ozi.

# 144

*Ebvu, Dévidi deru*
1 G'e tua Chipfu,
bụ agbara-mkpuma
mu ẹpha.
Ọo yẹbedua ezi mu
g'ẹka shihu mu ike l'ọgu;
mbụ l'ọo yẹbedua
ezi mkpụshi-ẹka mu
g'aalwụje ọgu.
2 Chileke yeru mu obu;
tẹme ọ bụru onye mu
agbabajẹ l'ime iya je
edomia ndzụ mu.
Ọ bụ onye egbobutajẹ mu nụ;
bya abụkwarupho onye
adzọje mu nụ;
tẹme ọ nọdu emeje
ụnwu-eliphe g'ẹphe
nọdu mu lẹ mkpula.
3 Gụbe Chipfu; ?bụ gụnu bẹ

nemadzụ bụ kẹ g'i
rivuje iya?
?Bụ gụnu bẹ ụnwu-eliphe
bụ kẹ g'i letajẹ phẹ ẹnya?
4 Nemadzụ dụepho g'udzu
ọnu.
Eswe ndzụ iya adụje g'ìbvù
oshi, abụjeru;
ọ -kpọo ụpfu nwanshịi
l'a hụma-buhu iya.
5 Chijanaa igwe tarara
jiko Chipfu.
Shi l'ẹka ono nyizeta bya
apfụru l'eli úbvú;
g'úbvú awata akpụ
tụutuutuu.
6 Tụnaa egbigwe gude chịkashia
ndu ọhogu mu achịkashi.
Gbaa phẹ apfụ ngu gude
mebyishia phẹ.
7 Gbẹnu l'ephekerephe ẹka ono,
ị nọ ono machịa ẹka
dzọta mu.
Nafụta mu l'echi
asọgaso-ẹnyimu;
mbụ l'ẹka ndu shi ọhozo.
8 Ndu bụ iphe,
jiru phẹ ọnu pyịmu bụ
adzụ ụka;
tẹme ẹkutara phẹ bụru iphe,
ẹphe egudeje iya eme
bụ ụghoshi.
9 Mu a-gụ ebvu ọ̀phúú nụ

ngu gụbe Chileke.
Ọ bụru ogelenda,
a kparụ l'ụdo iri bẹ mu
a-kụ gude gụaru ngu
ebvu ọbu;
10 mbụ gụbe onye emeje g'eze
lwụa ọgu lwụ-kpee;
bya abụru onye anafụtaje
onye-ozi iya,
bụ Dévidi g'e te gude
ogu-echi nmagbua ya.
11 Jiko dzọnaa mu!
Nafụtanu mu l'ẹka ndu
ọhozo;
mbụ ndu bụ iphe,
ejije phẹ ọnu pyịmu bụ
adzụ ụka;
tẹme ẹkutara phẹ bụru iphe,
ẹphe egudeje iya eme
bụ ụghoshi.
12 Mee g'ụnwu nwa nwoke,
anyi nwụru dụ g'iphe,
a kụru akụku teke ẹphe
bụ nwata.
G'ẹphe dụ g'iphe,
a kụru akụku,
e letaru ẹnya mee g'o vu
ọkpobe evuvu.
Tẹme l'i mee g'ụnwu anyi
nwanyị dụ g'igbụlo,
a kpụru; ọ nọdu ama mma;
e gude iya mee unuphu
ibe eze;

ọ nọdu ama ntụmatu.
13 L'i mekwaphọ gẹ nri,
dụlaje iche iche ji ọba
anyi ejiji.
Tẹme l'i mekwaphọ g'atụru
anyi zụshia azụzu ike;
k'ọphu oogudeje ụnubuku
atụru ka shii apha
g'apha l'ẹgu adọbeje iya.
14 Eswi anyi eshihujekwaphọ
ike vuje oke ivu.
Etsukpọshi igbulọ mkpụkpu
anyi ta adụhedu.
Ọphu ọ dụedu ndu
akpụkwadu anyi lẹ ndzụ;
ọphu ọ dụkwa iphe,
e-me k'ọphu aa-ra ẹjo
ẹkwa tsoru ụzo ndu anyi.
15 Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ ndu
ọ dụ nno l'ibe phẹ.
Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ ndu
Chileke phẹ
bụ Chipfu.

# 145

*Ebvu-ekele, Dévidi deru*

1 Mu a-nọdu ekutse gụbe
Chileke mu, bụ eze.
Mu a-nọdu etu ngu ẹpha jasụ
l'ojejoje.
2 Mu a-nọdu etu ngu ẹpha
mbọku-mbọku.
Mu a-ja ngu ajaja jasụ

lẹ tuutuutuu lẹ
mịimiimii.
3 Chipfu parụ ẹka;
ọ bụru iya bẹ ọ gbaru
g'a kachaa etu ẹpha.
G'ọ habe shii ta adụdu onye
sụru iya amaẹberu.
4 Ọgbo, nọnu a-nọdu atụjeru
ọgbo,
etso phẹ nụ ọnu iphemiphe,
iimekọta.
Ẹphe a-kọjeru phẹ iphe,
dụ biribiri, iimeje.
5 Ẹphe a-nọdu atụ ọnu
g'iigbube nwịinwii
waa g'akwabẹ ùbvù ngu
habe shii.
Mbẹdua a-nọdu nggujingguji
rịa g'iphe,
iime dụ-be biribiri.
6 Ẹphe a-nọdu atụ ọnu g'ike
dụ-be l'ozi, dụ biribiri, iije.
Mbẹdua atụkwapho ọnu iphe,
parụ ẹka iimekọtaje.
7 G'ẹphe ha a-tụko pfukashịa
g'ị dụ-be ree.
Ẹphe abya egude ẹhu-ụtso gụa
apfụbekoto ngu l'ebvu.
8 Chipfu bụ onye emeje
eze-iphe-ọma bya abụru
onye aphụje obu-imemini.
Ẹhu te eghujedu iya eghu
ẹgwegwa;

tẹme ọ nọdu eyeje obu
yegharụ iya ẹka.
9 Chipfu nwụberu onyemonye
ẹnya.
Iphemiphe, o mekpọru ememe
bẹ ọophujeru obu-imemini.
10 Iphemiphe, i meru ememe
a-nọdu aja ngu ajaja
gụbe Chipfu.
Ndu dụru ngu nsọ a-nọdu etu
ngu ẹpha.
11 Ẹphe a-tụ ọnu g'ẹka ị bụ eze
dụ-be biribiri;
bya atụa ọnu g'ọkpehu ngu
habe shii;
12 k'ọphu onyemonye
a-makọtaru iphe,
parụ ẹka iimeje;
bya amakwarụpho g'ẹka,
ị bụ eze dụ-be akpabiri.
13 Ịi-bụru eze jasụ l'ojejoje;
bya achịa; e -shi l'ọgbo
sweru ọgbo.
Chipfu bụ onye apfụshije ike
l'iphemiphe, o kweru
ukwe iya;
tẹme o yekọta iphemiphe,
o meru ememe obu.
14 Iphe, bụkpoo ndu abya
ada iko bẹ Chipfu abụjeru
agbarike phẹ;
bya apalije ndu e wozeru alị.
15 G'ẹphe ha atụkoje ele ngu

ẹnya l'ẹka;
tẹme ị nọdu anụjekwanu
phẹ nri l'orwuberu iya.
16 Ịisaje ọbochi-ẹka ngu
gude mee g'ẹpho ji
iphemiphe, nọ ndzụ.
17 Chipfu pfụberekoto
l'iphemiphe, oome;
tẹme o yee iphemiphe,
o meru ememe obu.
18 Chipfu anọduje ndu rakuru
iya nụ ntse;
mbụ ndu gude ire-lanụ
raku iya.
19 Ndu atsụ iya ebvu bẹ
oomejeru iphe, agụ phẹ nụ;
tẹme ọ nọdu anụmaje mkpu,
ẹphe echi je adzọta phẹ.
20 Onyemonye yeru Chipfu
obu bẹ ọonoduje eche nche;
obenu lẹ ndu ẹjo-iphe bẹ
oo-mebyishikọta.
21 Ọnu mu bẹ mu e-gude etu
Chipfu ẹpha.
G'iphemiphe, o meru dobe
lẹ mgboko kelejekwa
iya ekele jasụ lẹ tuutuutuu
lẹ mịimiimii.

# 146

1 Unu jaa Chipfu ajaja.
Obu mu; jiko jaa Chipfu ajaja.
2 Mu a-nọdu aja Chipfu ajaja

jasụ gẹ mu a-nọ-beru.
Mu a-nọdu agụ ebvu gude
etu Chileke mu ẹpha
jasụru asụru.
3 Ba kpọkwaru obu yeru
ndu-ishi;
mbụ nemadzụ mmanụ,
ta adụdu ike adzọta
ndzụ nemadzụ.
4 Ndu abụjeru; unme,
nọ phẹ l'ime -phefuwa;
ẹphe alaphu azụ je
abụru ẹja.
Ọ bụru mbọku ono gẹdegede
bẹ iphe,
ẹphe chịru idzu ememe
abvụkotaje.
5 Ẹhu-ụtso bẹ a gọru nụ onye bụ
Chileke kẹ Jiékọpu bẹ
eyejerụ iya ẹka;
mbụ onye bụ ẹka obu iya
adụje bụ lẹ Chipfu,
bụ Chileke iya;
6 mbụ Chileke ono,
bụ onye meru igwe mee alị;
bya emee eze-ẹnyimu;
waa iphemiphe, nọ iya nụ;
bya abụru onye apfụshije
ike l'ire-lanụ jasụ l'ojejoje.
7 Ndu eeme ewere bẹ
ọohajeru enge;
tẹme ọ nọdu anụje ndu
ẹgu agụ nri.

Chipfu emeje gẹ ndu a
tụru mkpọro nweru
onwophẹ.
8 Chipfu emeje gẹ ndu
atsụ ishi wata aphụ ụzo.
Ookulije ndu e wozeru alị;
tẹme ọ nọdu eyeje ndu
pfụberekoto obu.
9 Chipfu anọduje eche ndu
lwarụ alwalwa nche.
Ọ bụru iya egudeje ndzụ
ndu enwedu nna yẹe
ụnwanyi, ji phẹ anọedu;
obenu l'ụzo ndu ẹjo-iphe
bẹ oogbuchije.
10 Chipfu a-bụru eze jasụ l'ojejoje;
mbụ lẹ Chileke kẹ gụbe
Zayọnu a-bụru eze;
e -shi l'ọgbo sweru ọgbo.
Unu jaa Chipfu ajaja.

# 147

1 Unu jaa Chipfu ajaja.
Agụ ebvu gude ekele Chileke
anyi ekele dụ ree.
Aja Chipfu ajaja bụ iphe
ẹhu-ụtso; bya abụru iphe,
rwuberu iya nụ.
2 Ọo Chipfu gude ẹka iya
akpụ Jierúsalẹmu.
Nta-a bẹ o rwutawaru ndu
Ízurẹlu, a kpụru lẹ ndzụ
gude alwaphuta azụ.

3 Ọ bụ onye emeje gẹ ndu obu
phẹ tsuru gwogiri-gwogiri
nọdu ndzụ;
tẹme ọ nọdu asachajẹ phẹ
ọ́nyá ẹka e mekarụ
phẹ iphe.
4 Ọo ya gụru kpokpode ọgu
maru ole, ọ gbaru g'ọ dụ;
bya agụkota phẹ ẹpha
l'ẹhu l'ẹhu.
5 Chipfu k'anyi parụ ẹka;
tẹme ike iya bụru ike,
nyịberu anyịbe.
Nkwamẹnya nkiya ta adụdu
onye sụru atụ ọnu g'ọ
habe shii.
6 Ọo Chipfu gude ndzụ ndu
wozeru onwophẹ alị;
obenu lẹ ndu ẹjo-iphe bẹ
oochitajẹ tụa l'alị.
7 Unu gụnaa ebvu gude kele
Chipfu ekele.
Unu gudenụ une kụaru
Chileke anyi nkwa.
8 Ọo ya gude urwukpu
kwechia akpaminigwe
l'ophu.
Ọ nọdu edzejeru eliphe mini;
bya emeje g'ẹswa rwushia
l'eli úbvú.
9 Ọo ya anụ iphe-edobe nri;
bya abụru iya anụje ụnwu
okpoko-ọ́hà nri m'ẹphe

raa ọ́rà iya.
10 Ọ tọ bụdu ike, dụ l'ịnya emeje
g'ẹhu tsọo ya ụtso;
ọphu ọ bụdu apata-ọkpa
nemadzụ emeje g'ẹhu
tsọo ya ụtso.
11 Ndu emeje g'ẹhu tsọo Chipfu
ụtso bụ ndu atsụ iya ebvu;
mbụ ndu bụ ẹka ẹnya
phẹ adụje bụ lẹ n-yemobu
Chileke.
12 Gụbe Jierúsalẹmu;
janaa Chipfu ajaja.
Tunaa Chileke ngu ẹpha
gụbe Zayọnu.
13 Kẹle ọo ya emeje g'okpokuu
ọnu-abata ngu shihu ike;
tẹme ọ nọdu agọjeru ọnu-ọma
nụ ndu nọ ngu l'ime.
14 Oomeje gẹ nchị dụ doo
l'oke alị ngu l'ophu;
tẹme ọ nọdu egudeje
ọkpobe ereshi azụ-ji
ngu ẹpho.
15 Ọo iphe, ọ sụru g'o mee
l'eliphe emeje.
Opfu ngu abụjeru; epfuzeta,
iipfuzeta iya l'ọ tụko
mgboko l'ophu ngadzuru.
16 Ọ bụ onye ewojeru
aka-mini-sunoo phụshi
g'onye phụshiru ukpo;
bya eworu ijimini

phekaa l'o dzuru ẹkameka
g'onye phụru ntụ.
17 Ookpotajẹ akamini jịa g'onye
jịru ẹja.
?Bụ onye a-dụ ike nọdu g'oyi
akamini ono tsụa ya?
18 Ọlobule-a opfu-ọnu bẹ
oopfuje;
akamini ono adazehu.
Oomeje gẹ phẹrephere
wata ezizi.
Phẹrephere ono -ziahaẹpho;
akamini ono adazehu wata
asọ asọso.
19 Opfu iya bẹ o kpuhawarụ
goshi Jiékọpu;
mbụ l'ikpe, o kperu;
yẹe iphe, ọ tọru ọkpa iya
sụ g'e tsoje bẹ o
kpuhawarụ goshi Ízurẹlu.
20 Ọ tọ dụdu ọhozo, o mejewaru
ẹgube ono.
Ndu k'ono ta amadụ ikpe,
o kpewaru dobe.
Unu jaa Chipfu ajaja.

# 148

1 Unu jaa Chipfu ajaja.
Unu shi l'imigwe jaa Chipfu
ajaja.
Unu nọdu l'ẹka kachaa
ephekerephe jaa ya
ajaja.

2 Unubẹ ụnwu ojozi iya l'ophu;
unu jaa ya ajaja.
G'iphe, bụkpoo ojọgu imigwe
l'ophu jaa ya ajaja.
3 Unu jaa ya ajaja;
unubẹ ẹnyanwu yẹe ọnwa.
Unu jaa ya ajaja;
unubẹ kpokpode,
egbu nwịinwii.
4 Unu jaa ya ajaja;
unubẹ akpaminigwe;
mẹkpoo unubẹ mini,
nọgharu akpaminigwe
anọgha.
5 Unu tụko g'unu ha jaa Chipfu
ajaja;
kẹle ọo ya sụru g'unu dụ;
unu dụ.
6 Ọ bụru iya sụru unu l'ọwa-a
ẹka unu a-nọdugbaa
baa.
Ọ bụru ẹka ọ sụru g'unu
nọdu bẹ unu nọgbaa.
Unu je a-nọdu iya jasụ l'ojejoje.
Iphe ono, ọ tọru ọkpa iya
ono ta abyadụ echihu
echihu.
7 Unu nọdunu l'eliphe jaa
Chipfu ajaja;
unubẹ iphe, dụgbaa biribiri,
o meshiru dobe l'eze-ẹnyimu;
waa ọphu nọgbaa lẹ
mini-ime-alị.

8 Unu jakwaphọ Chipfu ajaja;
unubẹ egbigwe;
mẹ aka-mini-sunoo;
mẹkpoo urwukpu;
waa oke phẹrephere,
emeje iphe, o pfuru.
9 Unubẹ oke úbvú mẹ iphe,
bụ úbvú nshịi; waa oshi-ọmi;
mẹkpoo oshi sida;
unu jakwaa ya phọ ajaja.
10 G'anụ-ẹgbudu; mẹ iphe-edobe;
waa ụnwehu; mẹkpoo ẹnu,
ephe l'eli tụkokwapho
jaa ya ajaja.
11 Unubẹ ndu eze, nọ l'eliphe;
mẹ unubẹ iphe, bụ ọhamoha;
waa unubẹ ndu-ishi;
mẹ iphe,
bụ ndu eze mgboko l'ophu;
12 mẹ unubẹ ụnwokorobya;
waa unubẹ ụnwumgboko;
tẹme waa unubẹ ndu bụ
ọgerenya mẹ ụnwegirima;
unu jajẹkwa iya
phọ ajaja.
13 Unu tụko g'unu ha jaa Chipfu
ajaja;
kẹle ọo ẹpha iya kpoloko
bụ ẹpha, kakọta l'eli.
Ọdu-biribiri iya dagharu
mgboko l'ophu bya
adaghaa imigwe.
14 O meru g'onye ike dụ fụtaru

ndu nkiya.
Ọ bụru onye ono bẹ ndu
dụru iya nsọ,
bụ ndu Ízurẹlu anọduje
aja ajaja ono;
mbụ ndu ono,
dụ iya l'obu ono.
Unu jaa Chipfu ajaja.

# 149

1 Unu jaa Chipfu ajaja.
Unu gụa ebvu ọ̀phúú nụ
Chipfu.
Unu gụa ebvu gude jaa ya
ajaja l'ẹka ndu dụru
iya nsọ dzukọberu.
2 Gẹ ndu Ízurẹlu tee ẹswa
l'ẹka onye meru phẹ nụ.
G'onye eze ndu Zayọnu mee
g'ẹhu tsọo phẹ ụtso.
3 G'ẹphe tụko gude ete ebvu
jaa ẹpha iya ajaja.
Tẹme ẹphe egude nkwa yẹe
une gude gụa ebvu
nụ iya;
4 noo kẹle Chipfu bẹ ndibe
iya dụ l'obu.
Ndu wozeru onwophẹ alị
bẹ ookpubeje ndzọta
g'okpu-eze.
5 Gẹ ndu dụru Chileke nsọ teje
ẹswa l'ẹgube úbvú ọwa-a,
a kwabẹru phẹ-a.

Tẹme ẹphe agụkwapho ebvu
ẹhu-ụtso m'ẹphe zẹ azẹe
l'iphe-azẹe phẹ.
6 G'aja Chileke ajaja bụru iphe,
ẹphe a-kpụru l'ọnu.
Tẹme ẹphe atsụa ogu-echi,
atsụ akpatiphu labọ l'ẹka;
7 gude iya je agwata ndu
ọhozo ụgwo iphe,
ẹphe meru phẹ;
bya egude iya nụa
ụnwu-eliphe aphụ.
8 Tẹme ẹphe egudekwa iya
phọ tụa ndu eze
phẹ ẹgbirigba;
mbụ tụa ndu nweru
ẹnya mkpọro.
9 Ọo ya bụ g'ẹphe eshi nno
meẹbekota iphe,
onye-ikpe deru l'ẹkwo
sụ g'ẹphe mee ndu ọhogu
phẹ ono.
Ọwa-a bụ iphe, o gude kwabẹ
ndu dụru iya nsọ
ono ùbvù.
Unu jaa Chipfu ajaja.

# 150

1 Unu jaa Chipfu ajaja.
Unu nọdu l'ụlo Chileke,
dụ nsọ jaa ya ajaja.
Unu nọdu l'imigwe,
o gude ọkpehu iya mee

jaa ya ajaja.
2 Unu jaa ya ajaja k'iphe,
paru̩ ẹka o meshigbaru.
Unu jaa ya ajaja;
kẹle apa ẹka nkiya
nyịberu anyịbe.
3 Unu gbua opu gude jaa
ya ajaja.
Unu akpọo une yẹe ogelenda
gude jaa ya ajaja.
4 Unu kụa nkwa tee ebvu
gude jaa ya ajaja.
Unu kụa ogelenda phụa ụpyi
gude jaa ya ajaja.
5 Unu kụa eze ogena,
ada dunguu-dunguu
gude jaa ya ajaja.
Unu egude ogena,
ada gengugengu gude
jaa ya ajaja.
6 G'iphemiphe, bụkpoo iphe,
atụ unme tụko jaa
Chipfu ajaja.
Unu jaa Chipfu ajaja.

# Bayịburu Izii
## Izii: Bayịburu Izii Bible

copyright © 2014 Wycliffe Bible Translators, Inc.

Language: (Izii)

Contributor: Wycliffe Bible Translators, Inc.

All rights reserved.

2020-11-18

---

PDF generated using Haiola and XeLaTeX on 21 Feb 2024 from source files dated 29 Jan 2022
c6885c7c-c550-5b8b-a4fe-4bd714af4f6d